


ISI 1

# Mbido Ya


Á kọrọ akụ̀kọ́a n'akwụkwọ ochie nke gbara afọ puku hiri nne. Okwu m nile bụ eziokwu kama o nwere ndị ga esi ke na nkwete.
Kama, eziokwu na-agbagwoju ányá karịa akụ̀kọ́ifo.


Na mbido, tupu e ke mmadu mbu,
tupu e ke uwa,tupu e ke ányánwụ, ọnwa,
kpakpandu, ìhè na oge, Chukwu nọ ya.



Kama Chukwu chọrọ ikesasị ndụ ya; Ọ chọrọ ndị enyi ya na na ndị agbata obi.
Sọ ya nọ nenweghi mbido kama ọbụghị nanị ya. Maka na ọbụghị madụ,ma Chukwu abiii so ya, ma ha di atọ n’ime otu. Hadị atọ bụru ọgbọ ma bụrụ otu n’ebighiebi. Ha bụ otu na ihe nile; N’ume ma n’ọdịdị ma n’ike, ma na idi na n’uche obi. Ndị atọ a bụ otu Chukwu.Ya na onwe ya nọ na mmekọta ịhụnányá.


Akwụkwọ Nsọ gwara ányī sị na Chukwu kere ọtụtụ ndị mmozi dị iche iche ndị ga na-aburu ya abụ oma nakwa otito gburu gburu na oche eze ya. Mana, é nwere nke aha ya bu Lusifa nke kporo otutu n’ime atọ ndị mmozi nile ahụ nọ n’eluigwe ka ha lụsa Chukwu ọgụ. Nke a mere Chukwu ji chụpụ ha site n’Alaeze Eluigwe. Ọzọ, aha Lusifa gbanwere, ghọọ Ekwensu.




Aịzaịa 45:18- lee peeji nke 332 maka nkọwata gbasara Akwụkwọ Nsọ. Ị chọ ịmata maka ihe banyere ekwensu, lee Aịzaịa 14:12-14; Ezikiel 28:13-19; Matiu 25:41, luk 10:18,Nkpughe 12:4, 20:2


Na mbido, Chukwu kere eluigwe na ụwa. Ụwa we bụrụ ihe tọgbọrọ n’efu na ihe tọgbọrọ nkịtị; ọchịchịrị dịkwa n’elu ogbu mmiri: Chukwuokike n’erugharịkwa n’elu ogbu mmiri ahụ.



Na mberede, Chukwu we kwuee okwu n’ime ọchịchịrị ahụ
“Ka ihe dị”




Okike emezughị otu ndị madụ oge a chere. Chineke ejighi mgbanwe oge ugba a we kee ụwa. O jiri okwu ọnụ ya kee ihe nile. N’ime ụbọchị isii - marakwa na odị elekere iri-abụọ-na-anọ n’ime otu ụbọchị - ka o kere mkpụrụosisi na anụmanụ, ha we juputa n’elu ụwa.


Nke a mere n’afọ puku-anọ-na-anọ tupu Kraịst a bịa



N’ụbọchị nke isii, ka ndị ọjọọ nọ n’ele ányá, Chukwu kere okike ọhụrụ site n’aja nọ n’ala.


Chukwu kunyekwara ikuku-ndụ nke ya n’ime arụ aja ahụ, we mee ya ka ọ bụrụ madụ dị ndụ ma nwe mkpụrụobi. Madụ a dị n’oyi yi Chukwu ma nwe ọkwa karịsịa anụmanụ nile.




Jenesis 1:31, 2:7


Kwa ụbọchị, Chukwu na Adam kpara-nkata dịka enyi na enyi ya. Ihe dum nọ na-aga nke ọma. Chineke kutekwara Adam anụmanụ nile ka ọ baa ha aha. Mana dịka anụmanụ ndịa nọ n’agafesị, Adam chọpụtara na ha dị oke na nne. Adam we mara n’ọbụ nanị ya bu onye n’enweghị enyi.


Chukwu we sị
A ga m ékere Adam nwányị̄ nke genyere ya aka
Chukwu we mee ka Adam rahụ ụra dị omimi, O wepụta otu ogịrịga site n'akụkụ Adam. O jikwa ọgịriga ahụ we kepụta nwányị̄ mara mma; nke ga-ahụ Adam n'ányá ma nenyere ya aka.


Chukwu kpotere Adam n'ụra ma kutekwara ya nwányị̄ O kere. Ọ gwara ha mụta ụmụ, juputa n'ụwa. Adam we kpọ aha ọmalicha nwunye ọhụrụ ya, Eve.
Nwányị̄ a bụ ọkpụkpụ nke ọkpụkpụ m na anụ-arụ nke anụ-arụ m
Ekwensu onye ọjọọ no n'ele ihe nile a.
Ha abụọ gba-ọtọ, mana dịka obere ụmụazị, ha etinyeghi ya uche.


Obi dị ha ụtọ n’ime ubi Iden. Nmehie adịghị ya, agụụ adịghịkwa ya. E nweghị oke okpomọkụ ma-ọbụ oke ijụ-oyi.
Chukwu kwuputakwara okwu gbasara mkpụrụosisi we sị




Jenesis 1:28, 2:2


Ekwensu kpọrọ Chukwu asị, ma chọkwa ka o mebie iheọma Chukwu nọ neme. Ọ chọrọ ụzọ ọ gesi gwa Iv okwu. O wee banye n’ime arụ otu anụmanụ mara mma, we si n’ọnụ ya kwuputa okwu.




Ọ sị ányị̄ rie mkpụrụ osisi nile nọ n’ubi a ma ewezuga nke a. Ọ sịkwa na ányị̄ nwaa anwaa metụ ya aka, na ányị̄ ga-anwụ
Ta! Unu agaghị anwụ. Kama unu ga-adị ka Chukwu n’onwe ya ma unu rie mpkụrụ a. Ányá unu gemepe ka ányá ányị̄ siri mepe maka unu gamata ihe bụ iheọma na iheọjọọ.




Eve amaghị ihe, Iheọma na Iheọjọọ bụ.


Eve we nupuru Chukwu isi, we rie mkpụrụ ahụ.
Ozugbo Eve richara mpkụrụ ahụ, owee mata na-aghọgbuola ya. N'ezie mkpụrụ ahụ mere ya ka ọ mata iheọma na iheọjọọ, mana ikike iheọjọọ karịrị nke iheọma.


Eve weere mkpụrụosisi ahụ we nyekwa di ya, ma metu ya obi ka o kwete we rie ya.
Lenum anwugịm, mkpụrụ osisi a genyekwa gị amamihe

Jenesis 3:1-6



Ányá ha mepere; ihere we bịa ha makana ha gba-ọtọ.
Ha, Ha, Ha! Ugbu a, Chukwu gegbu unu egbu! Leenu ihe O mere m.


Ihe a ányị mere bụ gịnị?
Ányị enupuru Chukwu isi. Ọ gaghị ete aka Ọ bịa. Ka ányị kpuchitu ahụ ányị.


Adam, ole ebe ị nọ?
A nụrụm olu gi, ụjọ we bịa m n’ihi na agbam ọtọ.
Onye gwara gị n’ịgba-ọtọ? I nupula-isi je rie mkpụrụ osisi ahụ n’ikwesịghị iri?




Jenesis 3:6


Hissss...
Agwọ ghọgburu m. Ọ gwara m na agaghị m anwụ, na m ga-adị ka Chukwu, mana adịghịm ka Chukwu. Obi ajọlam-njọ.



Nke a mere Chukwu bụ a agwọ ọnụ we si ya,
A ga m eme ka mkpụrụ gị na mkpụrụ nwányī nọrọ n’iro. Mkpụrụ gị gechifiakwa ya n’ikiri ụkwụ mana mkpụrụ ya gechifịakwa gị isi.
N’ihi ihe nke a i mere, aga m eme gị ka ị na-akpụ afọ n’ala ka i neje. I ga neri aja n’ime ọnụ gị.


N’ebe a O kwere nkwa agha nke dị n’iru. Oge ga-abịa ṁgbè mkpụrụ nke nwányị gemeri ekwensu. Onye ahụ ga-agbaputakwa madụ nile.
Ọ gekuru ha nyeghachi Chukwu. O ga-azọpụtakwa ha site n’abụmọnụ mmehie na ọnwụ ike.


Jenesis 3:13-15



Chukwu nwere ikike imebi Lusifa ya na ndị mmozi ya n’otu ntabi ányá, kama Ọ hapụrụ ha ndụ ka ha wee bụrụ ihe-ule ụmụ madụ. Ụmụ madụ ha geso ụzọ Chukwu ka ha geso Ekwensu n’inupuisi?



Chukwu buru ụmụ madụ ọnụ we sị ya...
Adam, maka na i gere ntị n’olu nwunye gị ma nupurum isi, A ga m abụgi-ọnụ n’aja-ala ma mee ka ọ nepuru gị ogwu na uke karịsịa akwụkwọ nri. Tinyere nke a, ị ga-arụ oke ọrụ tupu ubi gị epuoro gị ihe i ga n’eri. n’ihe mgbu ka i geri ihe sitere n’ala na ndu gị nile tupu ị nwụọ ma laghachi n’ala ebe m siri kpụta gị.


Oge ọnwụ Adam na Eve ruru dịka Chukwu kwere nkwa. Mana kama o gegbu ha, Chukwu gburu anụmanụ n’ihi ha. O wekwara anụ-arụ anụmanụ ahụ we kwara Adam na Eve uwe mkpuchi.


O gbughị ányị̄! Ányị̄ ka dị ndụ!
O gburu anụmanụ n’ihi ányị̄!
Adam na Eve anwụghị ụbọchị ahụ maka na anụmanụ n’enweghi ihe ha mere nwụrụ n’ihi ha. Mana ikpe ritere ọnwụ mara ha, ya mere na m̀gbè na-adịghị ányá ha n’abọ gemechakwa kwụ a.Ụgwọ-ọrụ mmehie bụ ọnwụ.



Ebe Adam na Eve buzikwa ndị mmehie, Chukwu chụpụkwara ha site n’ọmalịcha ubi ahụ; maka n’ọchọghị ka ha rie mkpụrụ osisi nke ndụ, nke geme ka ha dịrị ndụ ebighiebi n’ime mmeghie ha.



Jenesis 3:17, Ezikiel 18:4
Chukwu debere onye mmozi dị iche a na-akpọ Cherubim n’ọnụ ụzọ ubi ahụ. Ọrụ ya bụ ichekwa osisi nke ndụ. Chukwu mechara mebisie ubi ahụ ma wepukwa osisi nke ndụ ahụ. Otu ụbọchị osisi ahụ ga-alaghachi n’ụwa mana nke a bụ akụ̀kọ́ ọzọ.


Adam na Iv mụrụ ọtụtụ ụmụ. Ụmụ ha ndị nke nwoke lụrụ ndị nke nwányị̄ we mụtakwa ụmụ nke ha.
Na mbụ, ṁgbè izizi é kere madụ, ọbara ọjọọ nọ n’ime madụ, nke na-akpatakwa ọrịa nrụrụ adibeghi ihe. Mana ṁgbè emesịrị, ṁgbè ọrịa nrụrụ-áhụ́ n’ihi nwanne na nwanne ịlụ onwe ha ghọrọ nsọgbu, Chukwu we nye iwu sị ka umunne kwụsị ịlụ onwe ha.




Ken na Ebel maara Chukwu. Ha makwara ihe dum mezuru n’ubi Iden. Mana Chukwu na madụ anọkwaghị na-aga otu ụzọ, ha anọkwaghị na akpa-nk ata dịka na mbụ. Mmehie Adam mere ka ya na ụmụ ya nile nọrọ n’ebe dị ányá site n’ebe Chukwu nọ. Ndụ n’enweghi Chukwu tara akpụ.


Á kpọkuo m gị Chukwu, abụkwam onye mmehie; é gbuolam nwaturu a ma were ndụ ya nye gị onyinye ka ọ nọchie ányá ọnwụ m.
Otu ụbọchị ruru m̀gbè Ken na Ebel, ụmụ Adam, chọrọ ife Chukwu. Nna ha akọlara ha otu Chukwu siri gbuo anụmanụ n’ime ubi Iden m̀gbè ha mehiere ya, nke a mekwara ka Ebel jiri okwukwe ahụ gbuo anụmanụ we chụọrọ Chukwu aja.




Jenesis 4:1-4, Ndị Rom 3:23, Ndị Hibru 11:4




Chukwu anabataghị onyinye Ken maka na ọbara adịghị ya.


Obi dị Chukwu ụtọ banyere Ebel na onyinye ya. M̀gbè ọ hụrụ ọbara atụrụ ahụ n’enweghi mmehie, ya kagbuo mmehie Abel.
Chukwu we sị Ken, “Ime ihe ikwesịrị ime, obi ga-adị m ụtọ n’ebe ị nọ.Tinyere nke a, ị ga-abụ onye ọchịchị n’ebe nwanne gị Ebel nọ. N’ezie ọ gebi n’okpuru gị.”


Onye ka i che di na ị bụ? Mkpụrụ m na akwụkwọ nri m nwere ùgwù karịa atụrụ ọbara iberibe gi ahụ. Kedụ ihe o ji nara gị ya?
Nwannem nwoke, oge ka dị inye Chukwu onyinye àjà ọbara.




Jenesis4:5-8

Ebel nwụrụ ma Ken nọdụzie n’achọ otu o gesi ekpuchi mmehie igbu-ọchụ ya.


Mana Ken ahụghị ụzọ iji we zonara Chukwu ajọ omume ya. Chukwu n'ahụ ihe nile, Ọ makwara ihe nile.
Ken kedụ ebe nwanne gị nwoke Ebel nọ?
Kedụ otu m gesi mara? Ekwesịrị m ị dị nelọkọta ya ányá?
Ọbara nwanne gi ka nọ n'aja-ala. Ọ na-agwakwam ihe ọjọọ i mere.


Chukwu mara ihe nile. Ọ na-ahụkwa madụ nile m̀gbè nile. Onweghi ihe zoro ezo n’ebe ọ nọ. Ọ hụrụ ihe Ken mere Ebel. Chukwu bụkwara Ken ọnụ, o we kpọrọ nwunye ya gbaba n’ime ọzara. Obi ya mara ya ikpe nke kpatara ya iri-uju na ntaramahụhụ.
Ken abụghịkwa onye nzọpụta é kwere na nkwa. Ya onwe ya kwesịrị ka azọpụta ya.




Jenesis 4:9-16, 5:4; Olu Ndi-Ozi 17:24-26


Seth mụrụ nwa nwoke, nwa ya nwoke we mụta nwa nwoke, ọtụtụ ụmụ nwoke ka ha mụtara mana ọdịghị otu n’ime ha pụtaranụ bịa wepụ abụmọnụ nke mmehie ma mebie ọnwụ. M̀gbè n’adịghị ányá, uwa dum juputara na madụ ma nwekwa ọtụtụ obodo na ubi dị iche iche.


Dịka ụmụ madụ nọ n’ejuputa n’ụwa, mmehie nakwa n’ejuputa n’ụwa. Ụmụ madụ bidoro n’akwa iko ma n’egburita onwe ha. Echiche ha nile bu mmehie. Onweghi onye n’ime ha bi ndụ eziomume. Ọ bụ nanị otu mmehie ka Adam mehiere mana ụmụ madụ nozi n’emehie ọtụtụ mmehie dị iche iche.
Chineke we sị, “’É chegariwom ike madụ n’elu ụwa. Á ga m emebikwa ihe nile dị ndụ n’elu ụwa.” Ekwensu, onye ọjọọ ahụ kpọrọ Alaeze Chineke asị, genwe obi anuri ma Chukwu gbuo madụ nile.




Jenesis 6:5-7; Ndi Rom 5:12




Mana é nwere otu nwoke agwa ya dị mma. Ọ nekpekwa ikpe ziri ezi. Agbanyegị na Chukwu gekpochapụ madụ nile nọ n’ụwa, o kpebiri na ọgaghị egbu nwoke a na ezinụlọ ya.



Noa,
A na m awụsa ibiri mmiri n’elu ụwa nile. Ihe nile n’eku-ume ga-anwụ. Otu i gesi zọpụta onwe gị, ezinụlọ gị na ụmụ anụmanụ bụ na ị ga-arụ ụgbọ buru ibu.


I bawa n'ime ụgbọ ahụ, ị gewere ụmụ anụmanụ dị iche iche abụọ abụọ, oke na nne. I gewerekwa oke na nne asaa asaa site na anụmanụ ndịahụ dị mma oriri. Á ga m agwa gị otu i gesi rụọ ụgbọ ahụ ya na ihe ị geji kwado maka ebiri mmiri ahụ.




Jenesis 6:8-9, 17-22, 7:2


Á na m agwa unu, Chukwu na-aga iji oke ebiri mmiri we bibie ụwa. Kwetenu n’okwu a ma sorom baa n’ụgbọ.
Obi ezughi Noa ike na madụ nile ga-anwụ n’ebiri mmiri nke na-abịanụ. Ya mere o ji na-agwa madụ nile sị kwusị mmehie.


Kedụ ihe geme Chukwu ịhụnányá imebi ụmụ nke ya?
Ọ bụ maka mmehie. Unu kwụsị mmehie ma kpawakwanụ agwa ịhụnaya na ezi-ikpe n’ime etiti unu.
Ị bụ agadị iberibe!

O ruru afọ otu-narị-na-iri-abụọ, m̀gbè Noa rụchara ụgbọ ahụ, Chukwu we mee ụmụ anụmanụ ka ha bịakwute Noa site n’ụwa nile.







Jenesis 7:7-9; 2 Pita 2:5


Ohere adịkwaghị.
Nke a bụ nke ikpeazụ n’ime ha.
Noa, oge eruwo. Bata n’ime ụgbọ; gị na ezinụlọ gị na anụmanụ nile. Oge gahụ aganarị ndị nekweghi akwụsị mmehie.


Chukwu gbachiri ọnụ ụzọ ụgbọ ahụ, mana ụbọchị asaa gara n’enweghi ihe merenu.
Sorom chịa! Lekwenu ndị iberibe a gbachigidere onwe ha n’ime nnukwu ụgbọ, ha na ụmụ anụmanụ n’etiti ọzara n’enweghi osimiri ọbụla nọ nso.
N’ezie ụmụ ọdụm nọ n’ime ụgbọ ahụ ga-atagbusigo ha
Ha anọla n’ime ebe ahụ otu izu.



Ma n’ụbọchị nke asaa, mmiri malitere zobe. Mmiri nile Chukwu gbachidoro n’ime ala pụtakwara n’elu.
Ahụtụbeghim ụdị ihe nke a; I chere na ndị-ara ahụ nọ n’ime ụgbọ kwuru eziokwu banyere Chukwu ịchọ igbu madụ dum maka mmehie?




Tupu oge a, mmiri ezotubeghi. Ụbọchị nile na-ama mma. Alụlụ nesikwa n'ala kwugo n'elu n'edekwa iru nile nke ala mmiri. Ọdịghị onye hụtụlara ma-ọbụ nụtụlaranụ maka mmiri ozizo. Nke a mere ọtụtụ ndị madụ jiri che na ara agbaala Noa, mana Noa n'onwe ya kwetere n'ihe Chukwu gwara ya.




Jenesis 7:9-12,16


Ihe dịka afọ puku-abụọ-narị-atọ-na-iri-anọ-na-asatọ tupu Kraịst
Tupu ụmụ madụ amata na Noa kwuru eziokwu, oge agaala.
Mmiri zoro n’elu ụwa ogu ụbọchị abụọ, ehihie na abalị. Okpuchikwara oke ugwu nile nọ n’elu ụwa. Ihe nile dị ndụ n’eku-ume nwụkwara ewezuga ndị ahụ ha na Noa nọ n’ime ụgbọ. Ha nọrukwara otu afọ tupu ha esikwa n’ụgbọahụ pụta.


Jenesis 7:12, 19-23, 8:9-12
Obi ga-adim ụtọ ma ebiri mmiri a gbada kányị̄ we si n’ụgbọ a pụọ.
N’ikpeazụ, Noa zipuru ugolo-ọma o we kpụrụ osisi n’ọnụ ya m̀gbè ọ laghachiri. Ihe nke ahụ pụtara bụ na é nwere ebe osisi nọ n’epu. N’ụbọchị ọzọ Noa zipukwara ugolo-ọma ahụ, mana ọ laghachighị n’ihi ọ chọtara ebe ọ gebi.


Ǹgbè n'adịghị ányá, ụgbọahụ jere tọgbọrọ n'elu ugwu nke a na-akpọ Ararat. Ha nile we si n'ime ya pụta. Ha pụtakwara n'ụwa ọhụrụ n'enweghi mmehie.

Noa wuuru Chukwu ebe ịchụ́-àjà we gbuo anụmanụ chụọrọ Chukwu àjà. Agbanyeghi na Noa bụ ezigbo madụ, ụfọdụ mmehie dịkwa ya n'ime obi. Ọ chụrụ Chukwu àjà-ọbara ndị a n'ihi onwe ya na ezinụlọ ya.



Anụmanụ ndị ahụ é ji chụọ àjà nọchiri ányá madụ asatọ ndị kwesịrị ịnwụ n'ebiri mmiri ahụ, ndị Chukwu mere ebere site n'amara ya. Ọ bụkwa ụdị ihe a ka Chukwu mere n'ubi ịden m̀gbè o gburu anụmanụ wee kpuchie Adam na Iv.

A ga m enyekwa gị eke na-ogwurugwuru elu-igwe. Ọ ga necheterem na agaghịm eji iju mmiri ebibi elu ụwa ọzọ. Mụọnụ ọtụtụ ụmụ ma juputanụ n’elu ụwa nile.





Á ga m emekwa ka anụmanụ na-atụ madụ ụjọ. Unu nwere ike iri anụmanụ ọbụla na-aga ije n’elu ụwa, dịka unu si eri akwụkwọ nri na mgbọrọgwụ akwụkwọ, mana unu erila ọbara. Unu egbukwala madụ.
Ọ bụrụ na ọ dị onye ikpe ogbugbu madụ mara, a ga-egbụgwara onye ahụ. Onye kwafuo ọbara onye ọzọ ndị ọzọ ga-akwafu ọbara ya n’ihi mpụ ahụ, maka na ndụ nọ n’ime ọbara.



Noa ghọkwara onye ọrụ ubi, o we kụọ mkpụrụ vine. Ụwa ọhụrụ a bụkwa owu na-ama maka nanị mkpụrụ ezi n’ụlọ anọ dị n’elu ụwa. M̀gbè na-adịghị ányá ụmụ ya bidoro mụwa ụmụ nke ha.





Noa chọpụtara na otinye mkpụrụ vine ahụ n’ime efere kpuchie ya ma hapụkwa ya ọtụtụ izu ọ ghọọ mmányá n’egbu-egbu. O nwere otu mmányá ahụ neme ya n’ahụ. Noa hụkwara mmányá ahụ n’ányá nke ukwu. Oge ụfọdụ m̀gbè ike ọrụ adịghị ya Noa na-adasara n’ala chefuo onwe ya. Ọ nemekwa ya ka ọ neme ihe na-anaghị amasị Chukwu.


Otụ ụbọchị oke mmánýá mgbu mere Noa ka ọ gbaa onwe ya ọtọ rahụ ụra n’ike. Nwa ya nwoke Ham hụrụ ya ka ọ gba ọtọ; ọtọkwara ya ọchị. Ọ gwakwara umunne ya ndị ikom ihe ọ hụrụ.



Ǹgbè Noa sị n’ụra mmányá ahụ tete, ụmụ ya Shem na Jafet gwara ya ihe Ham mere.
Nwa gị Kenan na ụmụ ya dum ga-abụ ụmụ-ọrụ nyere ụmụ Shem.




Jenesis 9:21-27, 1 Ihe Emere 4:40;
Abu Oma 78:51, 105:23,27,106:22


Set
Adam na Iv
Ken
Ebel
Chukwu gburu madụ nile ewezuga madụ asatọ

## Noa na ezinulo ya nwetere amara Chukwu




Ka oge n’aga, Jafet jere n’ala ebe ugwu dị je biri ma mụbaa. Shem jere biri na Asia. Ham jere na ndịda je biri na Afrika ya na ndịda Eshia. Ụmụ nwa ya Kenan mechara je biri n’ebe a na-akpọ Palestaịn ugbu a. Uwa nile we juputakwa na madụ.


Ihe dịka afọ Puku abụọ-narị-abụọ-na-iri-anọ-na-asaa tupu Kraịst
Nwa Noa,Ham, nwere nwa nwoke aha ya bu Kush, emechaa Kush mụọ nwa nwoke aha ya bụ Nịmrọd. Nịmrọd tolitere bụrụ dimkpa nwoke dị egwu n’ịchụ nta. Ama ya ama n’ụwa nile. O kweghị enubere Chukwu isi. O jere bido ofufe chi nke o ji aka ya me n’ime obodo nke a na-akpọ Babilọn.


Ndị obodo Babilọn achọkwaghị igbasasị n'elu ụwa. Ha achọghị i je mụbaa n'ebe nile dịka Chukwu nyere ha iwu, ya mere ha jiri bịakọ ọnụ ma wuokwa ụlọ-elu sara asa nke dịkwa ogologo ebe ha dum ga na-agbakọ n'efe chi ndị ahụ ha ji aka ha me.



Mana ọbụghị Chukwu nke kere ha ka ha nọ n’efe. Ekwensu duru ha, n’iji osisi, nkume ya na ola-edo; ha we rụọrọ onwe ha chi.

Iwe were Chukwu maka na ha-ekweghi agbasasị n’ụwa, ya mere o jiri nye ha ọtụtụ asụsụ dị iche iche n’etiti ha.



Ǹgbè ndị na-arụ ụlọ-elu ahụ nenwekwaghị ike ịghọta onwe ha, ha kwusịrị ọrụ iwu ụlọ-elu ahụ.



Madụ nile nke asụsụ ha bụ otuihe kewapụtara onwe ha site n’etiti ndị ọzọ asụsụ ha dị iche. Ha we bulie njem we ga n’ọtụtụ ebe dị iche iche je biri. O nwere ndị jikwa ụgbọ we ga njem ha. Ha jere biri n’etiti mmiri. O nwekwara ndị gara ebe ugwu, ebe oke oyi n’atụ, nwekwa ndị gara we biri n’etiti ọzara ebe ekpomọkụ dị. Ọ bụkwa otu a ka iwu Chineke nyere ha; maka ịmụba n’elu ụwa nile jiri mezuo.



Dịka ụwa si n’ejuputa
na madụ ka mmehie si
n’ejuputakwa n’ụwa.
Ụmu madụ bidoro ịkpọrọ
arụsị isi n’ala ma chefuo
Chukwu nke kere ha.

Jenesis 10:6-10, 11:1-9




## ISI 2


# Abraham


O nwere otu nwoke aha ya bụ Abraham, nwoke a ékweteghị na arụsị bụ chi kwesịrị ofufe. Ọ makwara na Chukwu kere ihe nile abụghị arụsị.



Chukwu we gwa ya okwu sị, Abraham si n’ime obodo ndịa n’efe arụsị pụta, hapụkwa ikwu na ibe gi. A ga m egosi gị ebe ị ga-aga. A ga m emekwa gị nna obodo dị ukwuu. A ga m agọzikwa onye ọbụla goziri gị, mana onye ọbụla bụrụ gị ọnụ ka m ga-abụ ọnụ. Ọ bụ n’ime gị ka mba nile nọ n’ụwa gesi nwete ngọzị.





Ihe dịka otu puku afọ-narị-itoolu-na-iri-abụọ-na-otu tupu Kraịst
Abraham mara na olu ahu ọ nụrụ bụ olu Chukwu. Ya mere o ji nubere ya isi ọbụladị na ọmabeghi ebe ọ neje. Ọ mara na ọ na-ahapụ ife-arụsị ma nesokwa Chukwu nke dị ndụ. Nke ahụ juru Abraham afọ. O we kpọrọ nwa nwanne ya aha ya bụ Lọt.


Ije Abraham dubara ya n’ime ala ndị Kenan. Ebe ahụ ka nwa Ham jere biri we mụbaa. N’ụbọchị ta, a na-akpọ ya ala Palestin. Ọ bụ ebe ahụ ka Chukwu gwara ya okwu.
Abraham bilie jegharịa n’ala a. Tulee ogologo ya na obosara ya. A ga m enye gị ala nile Kenan, gị na ụmụ gị nke ị na-amụtabeghi. A ga m enyekwa gị ụmụ nenweghi ngụta. Ha gejuputa dịka aja nke ala.




Jenesis 12:1-3,13:14-17



Ka Abraham buliri njem ya, ọkwusịkwara ọtụtụ m̀gbè, chụọrọ Chukwu àjà. Ọ bụkwa àjà-ọbara esurere n’ọkụ dịka aja Abel; n’ihi na ọ mara na ọ bụ onye mmehie nke kwesịrị ọnwụ.
Iji atụrụ we chụọ-àjà é nweghi ike iwepụ mmehie, mana m̀gbè Chukwu hụrụ okwukwe Abraham, o kpuchikwara mmehie Abraham.


Afọ iri we ga
Abraham, afọ iri gara aga ị gwaram na Chukwu sị gị na m ga-amụtara gị nwa. Ugbua, agbaalam afọ iri asaa n’ise, ma gị onwe gị dịkwa afọ iri asatọ n’ise. Ányị n’aka nka mana nwa abịabeghi. Mgbe n’adịghị ányá, gị onwe gị agaghị enwekwa mkpụrụ nwa. Ị sịrị n’ọbụ Chukwu gwara gị okwu m̀gbè ahụ?


Á ma m na ọ bụ Chukwu gwara m okwu, mana amaghịm ihe mere o ji egbu-oge imezu. Ọ gwaram na m ga-abụ nna mba dị ukwu kama ihe m nwere bụ ahụ kara nka na nwunye kafelaranụ ịmụ nwa,ọ bụkwa sọ atụrụ dị ọtụtụ ka m nwere.



Atụlegwu Abraham, mụ onwe m bụ onye n’eche gị bụrụkwa ngọzi gị.
Kedụ ngọzị ị ga-agọzi m? Ebe ị hụrụ na enweghim nwa?
Gị na Sara nwunye gị ga-amụ nwa.


Bịa Abraham lee kpakpando nọ n’eluigwe mara ma ị ga-agụta ha n’ọgụ. Otu ahụ ka ụmụ gị gejuputa, ha agaghị enwe ngụta.
É kweterem na ihe nile a gemezu otu i siri kwuo ya.


Jenesis15:1-6, 13-14
Ebe i kwetere n’okwu a m kwuru, a gam ewerekwa okwukwe gị a dịka eziomume. N’ezie ụmụ gị ga-abụ ndị ọbia n’ala n’abụghị nke ha. Ha ga-anọkwa afọ-narị-anọ dịka ụmụ-ohu. Obodo ahụ gemgịde ha ka m gekpe ikpe, mana ụmụ gị geji oke akụ n’ụba we si n’obodo ahụ pụọ. Ha ga-alaghachikwa n’ala m nyere gị ma biri n’ime ya.


Kedụkwanụ nkwa nwa é kwere m? Ka ụbọchị na-agafe a na m aka nka n’ike n’ike. M̀gbè n’adịghị ányá gị onwe gị agaghị adị-ike inye m mkpụrụ nwa. Abraham ọ na-adịm ka agaghịm amụrụ gị nwa.


N’usoro omenala nke ndị ala a, nwa-ohu m nwányī ga-amuchiterim nwa.


Abraham ọ bụ na ịnaghị ahụ na ihe a nwere ike ịbụ ohere ikpeazụ ányị̄ genwe ịmụta nwa? Tupu oge aga biko kpọrọ ya ka ọ mụtara ányị̄ nwa. Ọ ga-abụkwa nwa gị. Nke a bụ uche Chukwu. Ma ọbụghị ya, kedụ ka i gesi bụrụ nna obodo dị ukwuu?




Jenesis 16:1-4



Ṁgbè n’adịghị ányá
A na m aga ịmuru Abraham nwa.
Ṁgbè Haga matara na ọ dị-ime nwa Abraham, o buliri onwe ya elu ma letuokwa Sara ányá. Nkea mere iwe na mgbakasị-ahụ ji we bịa Sara.



Sara mere ka Haga je oke ozi. Onyeghị ya ezumike ma otu. O nweghi m̀gbè Chukwu kere na nwoke ga-alụ nwánỵī abụọ. Ma-ọbụ ka nwoke nwe ụmụ site na nwánỵī na-abụghị nwunye ya.
Ichutecha mmiri, je kpowaa nkụ.
Haga kpebiri n’ime onwe ya na ọ ga-agbafu.



Haga we gbafuo gbaba n’ime ọzara. m̀gbè ike gwụrụ ya n’onweghi ike ịga-ije ọ dapụkwara n’ala. Chukwu hụrụ alịlị-obi Haga we gwa ya okwu.
Haga laghachiri Sara ma wetuo onwe gị ala n’ebe ọ nọ. Ị ga-amụ nwa nwoke aha ya bụ Ishmel, nke pụtara Chukwunanụ.


Site na Ishmel ga-apụta ọtụtụ ụmụ nenweghị ike ị́gụ̄ta ọnụ. Ishmel ga-abụ nwoke-ọhịa, ọ ga na-aluso madụ nile ọgụ. Madụ nile ga na-alụsakwa ya ọgụ. Ọ gebikwa n’akụkụ umunne ya ndị nwoke.


Haga laghachiri na be nne ya ukwu. Ṁgbè oge ruru, ọ mụrụ nwa.
Chukwu gwaram na ebe ọ bụ Abraham mụrụ nwa a, na ọ ga-abụkwa nna obodo dị ukwu.
Ishmel mechara bụrụ nna nke ndị obodo Arab nile.
Jenesis 16:4-16


Abraham dị ogu afọ-anọ-na-isii mgbe a muru Ishmel. O teghi aka amụchara Ishmel, Abraham we kafe afọ nwoke ji amụ nwa. Ishmel ọ ga-abụzi nwa ahụ Chukwu kwere Abraham na-nkwa? Chetakwa na Chukwu kwuru sị na nwa ahụ ga-abịa site na mmekọ Sara na Abraham.
Kedụ otu Chukwu gesi mezuo nkwa ahụ o kwere ebe Sara na Abraham akafela afọ a na-adị amụta nwa?


Ǹgbè Ishmel ruru afọ-iri-na-atọ, Abraham dizi afọ-iri-itoolu-na-itoolu, Chukwu gwara Abraham okwu ọzọ.
Abraham, mụ onwem bụ Chukwu nke pụrụ ime ihe nile. Me ihe nile m gwara gị me, ma emeghiela. Dịka m gwara gị na mbụ agam eme ka ụmụ gị juputa, ma gị onwe gị ga-abụ nna mba dị ukwuu dị iche iche. M getinyekwa ọgbụgbandụm n'etiti mụ na gị ma n'etiti mụ na ụmụ gị.


Á ga m enye ụmụ gị ala Kenan ka o we bụrụ ala nke ha ruo ebighiebi. Sara ga-amụkwa nwa ahụ nke m kwere na nkwa, nwa ahụ ga-abu onye isi igwe mba.
Ha, ha! Kedụ ka nka gesi me? A di m ogu afọ-anọ-iri-na-itoolu ma Sara dịkwa ogu afọ-anọ-na-itoolu. Ahum dizi ka ahụ onye nwụrụ anwụ. Ányī agaghị amụtali-ụmụ. Biko ka Ishmel bụrụ nwa ahụ é kwere ányī na nkwa.


Mba, dịka m kwuru na mbụ, gị na Sara ga-amụta nwa nke unu, site na-anụ arụ unu. Nkwa ngọzị a gesi na nwa ahụ bịa, ọbụghị Ishmel. N’otu afọ, Sara ga-amụ nwa nwoke.


Ihe a onwere ike imezu?... Eh! Chukwu nke kere arụ madụ nwere ike were arụ madụ abụọ kara nka mee ka ha mụọ nwa,...n’ezie. Chukwu gemeli ya.


Ụbọchị n’adịghị ányá, ụmụ nwoke atọ si n’ime ọzara pụta. Ha eyighi ndị gaterela njem ha aka, ha eyikwanụghị ndị ala ahụ. Ha gbasiri ike, kwụrụ chịm, nka adịghi ha n’ahụ.


Abraham we legịde ha ányá ka ha n’abịa, mara na ha dị iche mana ihe ọ na-amaghị bụ na ndị ọbịa ahụ si n’ụwa ọzọ we bịa.
Abụọ n’ime ha bụ ndị mmozi eziomume, nke atọ bụrụ Chukwu n’onwe ya mebere onwe ya dịka onye mmozi ka o we gwa Abraham okwu. Abraham gbakwuru ha ga kele ha.
Jenesis 17:1-21, 18:1-2


Abraham, nwunye gị Sara ga-amụ nwa.
He, He, He
Na nkam a, ebe Abraham n’onwe ya tọrọm, m gakwa enwe ọbịụtọ mmekọrịta di na nwunye?


Gịnị mere Sara jiri chịa ọchị m̀gbè Chukwu sịrị na ọ ga-amụta nwa?
Achịghịm ochị.
N’ezie, ị chịrị-ọchị.
I kwetaghị n’okwu m kwuru.
O nwere ihe nyịrị Chukwu omume? Á ga m alaghachi ọzọ m̀gbè oge ruru ị ga-atụrụ ime, ma ị ga-amụkwa nwa.


Ọbụ m gwa Abraham ihe m chọrọ ime? Ọ na-aga ịbụ nna obodo dị ukwuu ma ọ ga-akuzikwara ụmụ ya na ụmụ ụmụ ya i nuberem isi.
Eh, o kwesịrị ịma.


Mmehie obodo Sọdọm na Gọmọra adiwo oke njọ. Á ga m ebibi madụ nile nọ na mba abụọ ahụ: ma nwoke, ma nwányị̄, ma ụmụ aka.
Mana nwa nwannem Lọt ya na ezi n’ụlọ ya bi ebe ahụ.
Jenesis 18:10-22


Ọgaghị adịka Chukwu ibibikọta ndị ezi-omume na ndị ajọ-omume. Enwekwanụ ndị ezi-omume iri ise ebe ahụ? Ị ga-agbaghara ha maka ndị ezi-omume ahụ? Amaram na onye ikpe nke ụwa nile geme ihe dị mma.
Ma m chọta ndị ezi-omume iri ise, agaghịm emebi obodo ahụ.


A bụkwanụm sọsọ aja, nekwesịghị ịgwa Chukwu okwu,mana ọ bụrụ sọ madụ iri anọ na ise bụ ndị ezi omume, igakwa ebibi obodo ahụ maka madụ ise ahụ dapụrụ nụ?
Ndị ezi-omume diri iri-anọ-na-ise, agaghịm emebi obodo ahụ.
Ha dịrịkwanụ sọsọ iri anọ?
Agaghịm emebi ya ma ha dịrị ndị ezi-omume iri anọ.



Ewela-iwe, ha dịrịkwanụ sọsọ iri atọ?
Agaghịm emebi ya ma ha dị iri atọ.
Ha dịrịkwanụ iri abụọ?
Agaghịm emebi ajọ obodo ahụ ma m hụ ndị ezi-omume iri abụọ n’ime ya.


Biko ewekwala iwe, nkea bu nke ikpeazụ m ga-ajụ gị. Énwekwanụ sọ ndị ezi-omume iri n'obodo ahụ, ị gakwa emebi ya?
Mba, m hụ ndị ezi-omume iri, agaghịm emebi ya.
Ma ịchọtaghị ndị ezi-omume iri, biko ị ga-azọpụta nwannem Lọt?
Ányī ga-abụ ndị ọbịa ya n'abalị a.


Ndị mmozi abụọ ahụ we ga n’obodo ahụ na m̀gbède me ka ha n’agafe akụkụ ụlọ Lọt.
Ebe a mebiri karịa otu m chere.
Ugbua ka m ghọtara ihe mere Chukwu ji chọ emebi ihe nile ma ụmụntakịrị ma anụmanụ.


Hey! Ndị ọbịa, ọdịghị mma ịnọ n’ezi n’abalị, n’obodo a. Batanụ n’ime ụlọ m.
Lekwa ndị ikom ahụ, ha mara mma. Ka ányī je kpọ ndị ọzọ.
Jenesis 18:23-19:2


Lọt kpọpụtara ányị̄ ụmụ nwoke ahụ ka ányị̄ mara ha
Sinu ebe ahụ pụọ, unu agakwaghị eme ajọ ihe a.
Kedụ onye o che na ọbụ mere o ji-ebuli onwe ya elu? Onye ire abụọ dị ka ya.


Ányị ga-agbawasị ọnụ-ụzọ gị,me gị nke ka nke gị bụ onye ọbịa.
N'ezie ányị achọghị ụmụ gị ndị inyom, ányị chọrọ ụmụ nwoke ahụ mara mma.
**Nwoke obi ọjọọ.**


Chukwu ụwa nile kpuo unu isi.
Kedụ ebe ha nọ?


Onye gbanyụrụ ọkụ?
Ahụkwaghịm ụzọ, kedụ ihe mere nụ?
Kedụ ụdị ike dị ihe a?


Unu ga-ahapụ obodo a, n’ụtụtụ. Kpọrọnụ ndị unu chọrọ ịkpọrọ. Chukwu agakwaghị ekpuchi mmehie obodo a.
Echi, Chukwu na-aga izo ọkụ dịka mmiri n’elu obodo a. Madụ nile nọ n’ime Sọdọm na Gọmọra ga-anwụ.




Jenesis 19:4-17


Elela ányá n’azụ.
Eeek !


Ewo! Papa. Mama mere ihe Chukwu sị emela we ghọ ogịdi nnu.
**Elela ányá n’azu! Gaa n’ihu.**


Ihe nile dị ndụ n’ime Sọdọm na Gọmọra nwụrụ pịị, n’ụbọchị ahụ. Chukwu bụ onye ezi-omume, ọkpọkwara mmehie asị, ọkacha mmehie nke ikwa iko dị iche iche n’etiti nwoke na nwoke, nwányị̄ na nwányị̄. Mmehie ịkwa iko nke metụtara ụmụ ntakịrị bụ nke kachasị njọ. Chukwu kwere na nkwa na ọ gaghị eji mmiri we bibie ụwa ọzọ mana o kwughị na ọgaghị eji ọkụ.


Na m̀gbè ọzọ, ọ ga-abụ ọkụ. Ụgwọ-ọrụ mmehie bụ ọnwụ: ọnwụ nke anụ arụ na ọnwụ nke ebighiebi n’ime ọkụ ala mmụọ. Site na amara Chukwu, Lọt hụrụ uzọ mgbapụ site n’iwe nke Chukwu. Nwunye ya enweghi okwukwe n’ime Chukwu, ọ bụ ya mere ọ nọghị n’egwu m̀gbè ndị mmozi sịrị onye elela ányá n’azụ.
Ụgwọ-ọrụ mmehie nile bụ ọnwọ, ọdịghị onye ọ pụrụ iche.




Jenesis 19:24-26; Levitikos 18:22;
Ndị Rom 1:23-32, 6:23; 1. Ndị Kọrịnt 6:9-11;
Nkpughe 21:8


Chukwu kweburu na nkwa na Sara ga-amụ nwa. Abraham na Sara bido n’enwe mkpali nke nwoke na nwányị̄ ha chezọrọ echezọ.
Abraham kedụ ihe neme gị. Oteela ilerem ụdị ányá ịhụnanaya a.


Ọ bụ ọrụebube! Ǹgbè na-adịghị ányá, madụ nile matara na Sara atụrụla ime!


Dịka Chukwu siri kwuo, ányị̄ ga-akpọ ya Isaac. Ọ ga-abụkwa nna obodo dị ukwuu.
N’ezie m̀gbè Chukwu kwuru na m ga-amụ nwa, o merem ihe ọchị. Onye ga-ekwete na m ga-anọ na nka n’eku nwa nkem?
Chukwu emezuola okwu ya dịka o si eme.

Ishmel nwa Abraham site na Haga gbara afọ-iri-na-anọ. Ọ kpọkwara obere nwa ahụ asị.




Chụpụ nwányị̄ a nejerem ozi na nwa ya. Ha abụọ agaghị ekete ihe onwunwe Aịzik nwa Chukwu kwere na nkwa.
Chukwu we gwa Abraham okwu sị ya, “Sarah kwuru eziokwu. Chụpụ Haga na Ishmel. Ishmel na Aịzik agaghị eke ihe onwunwe. Mana ekwekwala ka o wute gị. A ga m elekọta ha abụọ ányá.





Jenesis 21:1-3, 9-14
*aha ahụ aịzik pụtara ọchị.


Ị bụ nwa ọrụebube. Ị ga-azọpụta ụwa n’aka mmehie?
Abraham hụrụ nwa ya Aịzik n’ányá, ọdịghị ihe pụrụ ịbịa n’etiti ha.


Papa, ọ bụ gịni mere i ji-egbu ụmụ atụrụ a we na-akpọ ha ọkụ n’elu nkume?
Chukwu nke kere eluigwe na ụwa, bụkwa Chukwu ezi-omume. O nweghị ntụpọ ma ncha. O nwere nwoke mmehie dịka m nupuru ya isi na mbụ, aha ya bụ Adam. Keṁgbè ahụ, mmehie tezuru ogbo niile nke madụ.
Chukwu gwara Adam na o mehie, na ọ ga-anwụ. Mana oge Adam mehiere, Chukwu we gbuo ụmụ anụmanụ, were anụ arụ ha kpuchie ihere Adam na Iv.


Ṁgbè ọbụla m gburu atụrụ were chụọrọ Chukwu àjà, ihe m nekwu bụ na a mara m na mụ bụ onye mmehie, mana ka atụrụ a nenweghi ihe ọjọọ o mere, nochite ányám.


Aịzik tolitere dị ike. Ọ mụtakwara ịtụkwasị Chukwu nke nna ya Abraham obi.


Abraham, a chọrọm ka i were otu mkpụrụ nwa gị nwoke nke ị hụrụ n’ányá nke ukwuu we chụọrọm aja.


Chukwu nna, kedụ otu i gesi gwam me ụdị ihe nkea? Ihe a adịghị ka gị. Ọ bụkwa ndị n’efe arụsị n’egbu madụ achụ àjà. Ị sịkwa na i geme Aịzik obodo dị ukwuu. I gbuo ya, nkwa i kwere agakwaghị emezu.




Jenesis 22:2; Ndị Rom 5:12


Ọ bụ ije abalị atọ. Ya mere ányị̄ geji otu izu je ya.
Unu leruo ányá ma agam n’ekpere ndị-ikom abụọ m ekpere.

Ụbọchị atọ agala...




Papa, ányị̄ ebutewo osisi, ị rụọkwala ebe ịchụ-àjà, mana kedụ anụmanụ ányị̄ geji chụọ àjà?
Aịzik ichetere m̀gbè m gwara gị na Chukwu sịrị na mụ na nne gị ga-amụ nwa na nka? Chukwu gwaram okwu ozo.


Na nke a, ọ sị na ọ bụ gị ga-abụ anụmanụ n̄chụ́-àjà.
Mụ? Papa, ị makwa ihe i nekwu?


Ọ bụ na Chukwu agwaghị gị na m ga-abụ onye isi mba dị ukwuu, na ụmụ m ga-adị ka kpakpando nke eluigwe? I gbuo m ugbua kedụ ihe gemekwa nkwa Chukwu kwere gị?
Amatawom na ihe ọbụla Chukwu kwere na nkwa, ọ gemezuriri ya. Ọ sịkwa na ị ga-abụ nna obodo dị ukwu, ị ga-abụ ya, ọbuladị ma ị nwụọ.


Mana kedụ otu nkwa gesi mezuo ma m nwụọ?
Amaghị m, ọ ga-abụ na ọ ga-akpọlite gị n'ọnwụ.
Papa, ka ányị̄ me ihe Chukwu kwuru agbanyegị otu o siri dị.
Jenesis 22:3-9


Agbanyegị na Abraham mara na ihe ọ neme bụ ihe Chukwu sị ya me, ọ gara ajụ ya obi oyi ma aka ya gara a na-ama jijiji ka ọ na-akwado igbu nwa nke ya.
Okechiri aka na ụkwụ nwa ya, ma nyiwe ya n’elu ebe n̄chụ́-àjà ahụ. Ọzọkwa gara abụ iji mma were bee ya n’olu.


O kpere ekpere, nke gosiri
na o nwere okwukwe n’ime
Chukwu, buliekwa mma
ahụ elu. Ka ọ wedatara
mma ahụ, ozugbo ya-
anụ olu si na elu-igwe.




Abraham! Abraham! egbula nwa ahụ.


Ugbua ka m mara na ị tụkwasaram obi. Ebe i nuberem isi ma m̀gbè m sị gị nye m sọsọ otu nwa nwoke i nwere.


Mgbè Abraham weliri ányá ya, ọ hụkwara ebule tọrọ n’ime obere-ọhịa.
Nna lee! Chukwu enyewo ányị̄ ebule nke ga-anọchi ányá́m!


Abraham, maka na imeela ihe nke a; newezugaghịrịm otu nwa gị, a ga m agọzikwa gị, ma mee ka ụmụ ụmụ gị mụbaa dịka kpakpando nọ na mbara eluigwe. Tinyere nke a, ụmụ gị gewere alaa, ma mebikwa ndị iro gị. Ǹgbè emesịrị, otu n’ime ụmụ gị, nke a na-amụbeghi, ga-abụkwa ngọzi nyere ụwa nile.
Nnam, Chukwu bụ onye ebere, otu ahụ i siri kwuo na ọ bụ.
Jenesis 22:9-18; Ndi Hibru 11:17-19


Abraham nwere umu ndikom abụọ, Ishmel na Aịzik. Aịzik bụkwa nwa nke Chukwu ghọrọ nke gemezu nkwa O kwere Abraham. Aịzik mụrụ nwa a kpọrọ Jekop, nke aha ya mesiri gbanwe bụrụzie Izrel. Jekop mụrụ ụmụ nwoke iri na abụọ ndị, m̀gbè oge gasịrị, ha na ezinụlọ ha gara Ijypt ebe ha mesiri ghọ ndị ohu(afọ otu puku, narị asaa na isii tupu Kraịst)

Jenesis 21:5, 13, 24:67,25:12-18,21-26,29:23-30







ISI 3

# Mozis


Otu puku afọ-narị-asaa-na-isii tupu Kraịst
N’oge ụgani, Jekcop nke bụ nwa nwa Abraham kpọrọ ụmụ ya na ụmụ ụmụ ya , ezinụlọ ha nile na ndịozi ha we je Ijipt je biri. Ha we nọrọ n’Ijipt mụbaa.


Oge n’adịghị ánýá, ụmụ Jekop, nke á gbanwere aha o we zaba Izrel, juputara karịa ụmụ Ijipt.


Fero, onye n’achị Ijipt, wedara ụmụ Jekop ala ha we
ghọ ụmụ ohu. O nyere ha ọrụ siri ike ka ha na-arụpụta
ngọngọ. Ǹgbè ha biri n’Ijipt narị-afọ-atọ, ha échezọghị
nkwa Chukwu kwere Abraham na ndị nnanna ha.


Chukwu gwara Abraham sị na ụmụ ya ga-abụ ụmụ ọbịa na ụmụ ohu n’ala na-abụghị nke ha. O kwekwara ha nkwa na m̀gbè narị afọ iri gasịrị, ọ gekpe ndị obodo ahụ ikpe ma kpọghachite ndị ya n’ala ahụ o kwere ha na nkwa.


Ihe m n’agwa gị bu ezi okwu. Fero n’atụ ụjọ n’ányị̄ ka ha n’ọgụ. Ọ negbu ụmụ ntakịrị a mụrụ ọfụ. Ụmụ Ijipt a bụkwanụ ndị ume ngwu, ha agbasighi ike ma ncha. Ndị ikom ányị̄ ka ha ike maka oke ọrụ. Ha na-atụ ányị̄ ụjọ.
Ha agaghi egbu nwa m. Chukwu gekpuchi ya.
Ha! Kedụkwanụ ihe Chukwu gemenwu n’ebe ike Fero dị?




Site n’ụjọ na ndị Ju nọ n’amụba karịa ha, Fero zipuru okwu ka é gbuo ụmụ ntakịrị ha ndị nwoke ụmụ Izrel nke a mụrụ ọhụrụ.

Jenesis 46:5-7, Ọpụpụ 1:1-12, 22


Mana nne, kedụ ihe m ga-agwa ụmụ agha na ndị bi ányị̄ nso m̀gbè ha ga-ajụ maka nwa ányị̄ mụrụ ọhụrụ?
Ị ga-agwa ha eziokwu. Nne nke ya tụbara ya n’ime mmiri ka ụmụ agha ahụ ghara ime ya.


Ihe dịka otu puku afọ-narị-ise-na-iri-abụọ-na-ise.
Nne obu ọkwa eziokwu?
É ji m krota tee n’ahụ ya. Ọ gese n’elu.


Ányị̄ a ga-ahụkwa nwa nke a ọzọ? Ndị Ijipt a bụ ajọ madụ.
Chukwu gekpuchi ya. Nọrọ nso legịde ya ányá.

Ada Fero bịara n’iyi ịsa arụ.




Ọ ga-abụ nwa ndị Hibru.
Hewu! Nwa nke a amaka.
Agụụ ga na-agụ ya.


Agam akpọrọ ya ma m chọta onye ga nenye ya ara.
Lekwa otu nwatakịrị Hibru. O nwere ike ịma onye genyeregịya ara.


Aga m eje hụ ma m ga-achọta onye gelekọtara gị ya. A mara m otu nwányị̄ a tụbara nwa ya na mmiri. Ọ ka-nwere mmiri ara.

Opupu 2:3-9



Kedụ ihe bụ nkea m mere? M gakwa ahụ nwa m ọzọ? Chukwu ọ na-ahụkwa?
O nweghị ihe ọzọ i gara eme. Ị gaghị ezonwu ya ebighiebi, m̀gbè n’adịghị ányá, ndị agha ahụ gara ịchọta ya ma gbuokwa ya. Tụkwasị Chukwu obi.
Nne,nne!



Nne, ada Fero bịara ịsa-ahụ n’iyi we hụ nwannem nwoke. Ọ chọrọ ịkpọrọ ya dịka nwa nke ya ma ọ na-achọ onye ga nenye ya ara! Ọ na-abịa ebe a ugbua!
Ekele dịrị Chukwu ebighiebi!


Á nụrụ m na nwa gị nwụnahụrụ gị, gidesie obi gị ike. Á chọtara m nwa nka na mmiri. Á ga-akwụ gị ụgwọ ka i nyerem ya ara ma zụliterem ya.
Ǹgbè o tolitere, aga m abịa kpọkwara ya je n’obi ebe a ga-azụ ya ka ọ ghọ Fero nke Ijipt. Aha ya ga-abụkwa Mozis.
Ka Mozis n’eto, nne ya gwara ya maka Chukwu nke ndị nna nna ya. Chukwu nwere ihe dị iche O buru n’obi na nwa ahụ geme.


Obere isi wụbata, ányị̄ n’eje n’obi.
Kedụ ka ịnyịnya a si agba ọsọ?
Imeela zụọrọm Mozis. Ahụ dị ya nnọọ mma. Ọ getolite bụrụ nwoke dị ike bakwara ụba.
Opupu 2:8-10


Dịka ọkpara nnakwere ada Fero, Mozis tolitere bụrụ nwoke ukwu n’ala Ijipt. Akara ya bụ na ọ genwe akụ n’uba na ike dị ukwu, mana ochezọghị ebe o siri bịa.


A na m agwa gị Mozis, Chukwu nke nna ányị̄ ha, Abraham, Aịzik na Jekop gwara Abraham na ụmụ ụmụ ụmụ ya ka amụba we juputa. Ha ga-aghọkwa ụmụ ohu n’ime obodo ha bụ ọbịa. I lezie ányá, ebe a ka ányị̄ nọ.
Eh, ọ gwakwara Abraham na anyị ga-atakwa ahụhụ n’obodo ahụ ányị̄ bụ ndị ọbịa. Ányị̄ anọọla ebe afọ narị-atọ-iri-ise-na-itoolu. Ányị̄ ka nwere nanị afọ iri-anọ-na-otu ka ányị̄ nọcha ma si ebea pụọ.


Ihe nke a dị egwu. Ọdịghị otu Fero gesi rapụ ndị ohu ya nile ka ha laa, ma ya fọdụzie inye ha akụ n'ụba. Kama é nwere ike inwe ụzọ ọzọ a geji mee ya. Ọ bara uru icherucha afọ iri-anọ-na-otu?
Mana ọ gwakwara Abraham na ọ gekpe obodo ahụ ikpe n'ihi ihe-ọjọọ ha geme ányị̄, ma ányị̄ gejikwa oke akụ n'ụba pụọ ma laghachi n'ala Chukwu nyere nna ányị̄ ha.


Ụmụ Izrel takwara ahụhụ n’aka ndị nna ukwu ha. Ebe ha nọ n’akpụ ngọngọ adịghị mma. Ihe nka wutere Mozis, o we kpebie na ọ gemerịrị ihe gbasara ya
Bilie tupu o kugbuo gị!
Bilie gị bụ ezi!
Eber, bilie.
Ọpụpụ 2:10-11


Otu ụbọchị , Mozis hụrụ ebe onye Ijipt netigbu otu onye be ke ha.
Oge mgbapụta eruwo. Ihe nka ga-akwụsị ta.



GBIM!
Ozugo!
Mozis gbukwara onye Ijipt ahụ ma lie ya, kama madụ ḥụrụ ya, je gwa Fero.


Chim o! Kedụ ihe bụ ihe nka m mere?
Kwụsị! A gekpe gị ikpe maka na i gburu madụ.
Ọbụkwa Mozis!


Ihe dịka otu puku afọ-narị-anọ-iri-itoolu-na-otu, tupu Kraịst
Mozis hapụrụ Ijipt we gbaba n’ime ọzara. Ọ bụ sọ ya nọ; nenweghi ikwu ma-ọbụ ibe. Ọ napụtaghịkwa ndị ya ma ya onwe ya na-achọ onye ga-anapụta ya.
Opupu 2:11-15



Mozis gara ije ọtụtụ ụbọchị, ṁgbè ike gwụrụ ya iga ije, ọ bịakwutere ndị n’azụ atụrụ.
Lekwa nwoke ahụ!
Onye nke ahụ bụ ọdị ndụ ọnwụ ka mma. Wete mmiri.
Ọ bụ onye Ijipt.

Mozis chọtakwara ndụ ọhụrụ n’etiti ndị mba midian. Ọ mụtara otu esi ebi n’ime ọzara, ọ lụrụ nwunye ma ghọkwa onye ọzụzụ atụrụ. Ṁgbè afọ iri-anọ gasịrị Ijipt ghọrọ ya ebe echefuru echefu. Mozis ebukwaghị n’obi na ọ ga-ahụ ndị ya ọzọ.




Ihe nka dịkwa egwu! Kedụ otu ọhịa ahụ si enwu ọkụ ma ahụ ya ereghi ọkụ? Ọ ka n’erekwa ruo ugbua.


Mozis, yipu akpụkpọ ụkwụ gị, ebe ị kwụ bụ ala dị nsọ. Á bụ m Chukwu nke ndị nna gị, Abraham, Aịzik na Jekop.


Ahuwom ntaramahụhụ ma nụkwa ekpere ndị nkem nọ n'ala Ijipt. Oge eruwo iji gbapụta ha site n'aka mmegbu ma kpọghachikwa ha n'ala m kwere ndị nna ha na nkwa.
A ga m edunye gị ka i je na nke Fero we kpọpụta ụmụ m site na mkpagbu. Ị ga-agwa Fero ka ọ hapụ ha ka ha la mana ọ gaghị ekwe. M̀gbè ahụ, A ga m egosi ụmụ Ijipt ikem. Émecha, ọ ga-ahapụkwa ha.
Ọpụpụ 2:16-3:10


Mana ha agaghị ekwete na I dunyerem. Ha ga-achịm ọchị.


Tụpụ mkpara gị n’ala.


Gini? Mkparam!


Ọ ghọọla agwọ ọjọọ!


Tụtụrụ agwọ ahụ site n’ọdụ dudu ya.


Ọ ghọkwala mkpara m!





Opupu 4:1-4, 12-16


Otu puku afọ-narị-anọ- na-iri-anọ-na-ise tupu Kraịst
Ị na-alaghachi Ijipt! Kedụ kwanụ maka ndị chọrọ igbu gị?
Keṁgbè ahụ ogu afọ abụọ agaala. Ndị nile mara maka ihe ahụ merenụ anwụọla. Ọdịghị onye ga-amatazi m.
Kedụkwanụ ṁgbè i ga-alọta?
Ma Fero hapụ ụmụ Chukwu ka ha pụọ.


Kpọkọtanụ ndị okenye ọnụ! Oge mgbapụta ányị̄ eruwo
Ndịahụ bụ olendị?
Nkeahụ bụ Erọn ndị egbo Levi. Nke ọzọ ahụ yiri ányị̄ mana ọ bụghị ohu.


Bịanụ nso, unu bu ndị okenye Izrel.
Á mụrụ Mozis na ogu afọ anọ gara aga. Ǹgbè ahụ bụkwa oge oke ogbugbu n’ihi na Pharaoh nọ n’egbu ụmụntakịrị ndị nwoke a mụrụ ọhụrụ. Nne Mozis zotukwara ya n’ime nkata tinye ya na mmiri. Ǹgbè Ada Fero jere ịsa-ahụ, ọ chotara Mozis we zụọ ya dịka ụmụ ndị Ijipt. ogu afọ abụọ gara aga, mozis kpebiri na ọ kara ya mma isokwa ndị be ya tawa ahụhụ kama ịchị dịka onye ijipt. o chere otu ọ gesi zọpụta ányī n’ike nke ya ma omenwughi ya.
Opupu 4:29-31


. N’ime ogu afọ abụọ a gara aga Mozis nọkwa n’etiti ọzara, n’ime ala Chukwu kwere ányị̄ na nkwa. N’oge ugbua Chukwu gwara ya okwu, gosikwa ya otu ọ gesi napụta ányị̄ n’aka Fero! Mozis gegosi ányị̄ ihe-nriba-ama ọ gegosi Fero iji me ka ọ hapụ ányị̄ ka ányị̄ pụọ.


Chukwu nke Abraham gwaram okwu site n’ime ọhịa n’ere ọkụ we dupu m ka m bịa dughachi unu n’ala ndị nna ányị ha. Lee ihe-iriba-ama.


Ewelei! Osisi ya ghọrọ agwọ.
Egwu atụla unu.


Leenu nka.


Chukwu eziteworo ányī onye nzọpụta.
N’ezie nke a geju Fero ányá.


Ọ bụ ọrụebube.
Ugbu a ka ányị̄ je hụ Fero.
Chukwu nke Abraham!
Ọpụpụ 4:17,30


Ọgbanwebeghi keṁgbè ogu afọ abụọ gara aga. Chetakwa kwuo sọsọ ihe m gwara gị.



Chukwu nke ụmụ Izrel agwago Mozis okwu. Chukwu sịrị na gị hapụ ndị ya ka ha ga njem ụbọchị atọ n’ime ọzara ka ha we fee ya ma chụọrọ ya àjà.
Ọdịegwu! Chukwu nke ụmụ Izrel? Ha, ha, ha! Amaghịm Chukwu unu. Onye bụdị Chukwu nke m geji gee ya ntị? Unu na-akpa m ọchị. Agaghịm ekwe ka ụmụ ohu m ga njem ụbọchị atọ n’ime ọzara.


Á nuwo m otu i siri na-akpali mmụọ ha ma meekwa ha kwụsị ọrụ. Ugbu a ha chọziri ịga njem ụbọchị atọ ije fee Chukwu nke m na-amaghị. A ga m enye ha ọrụ nke karịrị nke ha na-arụ na mbụ.
Site ugbu a gaba n'ihu ha geji aka ha na-akpata ahịhịa nke ha geji na-akpụ ngọngọ. Ugbu a si n'iru m pụọ ma laghachi ebe i si bịa.

Opupu 5:1-7


Ịna-ahụkwa?
Ihe nka tọrọ m ọchị. Lekwa ka ha siri tibata ka ha bụ olu Chukwu.


Ihe ị chọrọ ịgwa ányị̄ ọbụ na sọsọ mgbapụta ịgbapụtara ányị̄ bụ ka ányị̄ na-arụ ọrụ ji ugboro abụọ karịa ọrụ ányị̄ na-arụ bu? Ị sịkwa na ọ bụ Chukwu dunyere gị?
Onye ka o che na ọ bụ?
Ekweteghim na nwoke a ghọgburu ányị̄.
Echeghim na uche ya zuru oke!


Ọkwa maka na unu enweghi ọrụ unu na-arụ mere unu jiri chọ ije fee Chi unu? Á ga m akuziri unu na ịno na-nkịtị dị njọ.


Jehova, keṁgbè m bịara n’ekwu okwu ị sịrịm kwuo, ihe emebisiela karịa otu ọ dị na mbụ. Ọ bụ gịnị mere i ji zitem ebe a?
Á bụ m Jehova, Chukwu nke nna nna gị ha. Á huwo m ntaramahụhụ gị ma nụkwa akwa ndị nkem Izrel.
Oge eruola ṁgbè m gemezu nkwa m kwere Abraham, nke bụ idu ụmụ ya eje n’ala Kenan. Gị bụ Mozis gedukwa ha.


Mana amaghịm ekwu okwu ọfụma, Fero agakwaghị ege m ntị.
Eron gekwuchitere gị
okwu; ị ga-anụ olum we gwa ya ihe
ọ gekwu. Na mbụ, Fero agaghị ege gị
ntị, mana Á ga m egosi ya ihe-nrịba-
ama nke ka nke ruo m̀gbè Ijipt nile ga-
amatakwa na Á bụ m Chukwu.


Ha, ha! Kedụkwa ihe i neme ebe a ọzọ?
Jehova sị, “Zipu ndị m.”


Lee ihe-iriba-ama nke negosi na Jehovah ekwupuwo okwu.
Ha,ha,ha! Nke a bụ ihe egwuregwu. Egwu adịghịm. Kpọọm ụmụ dibia anwansị ahụ..




Opupu 5:10-23, 7:7-11


Bịanụ ngwa ngwa ma
wetanu anwansị atọ ahụ ebe unu neme
ka osisi ghọ agwọ


Chi ányị̄ nke agwọ Nesert zitere ányị̄ ị gwa gị ka ị kpụtakwuo brik. Ha, ha, ha!




Opupu 7:11-12


Lekwa! Agwọ ya chọrọ ịlụsa nke ányị̄ ọgụ.


Agwọ ya n’elokwa nke ányị!


Olochala agwo anyi kpam kpam!


Agwakwalam na o gaje ilo ọzọ! Iwe gewe Nesert Chi nke agwọ.


Ihe nke a jurum ányá! Agwọ ya elochala agwọ ányị̄ nile.
Kedụ ihe bụ nka?





Ọpụpụ 7:12




Ọpụpụ 7:13 “Chukwu we me ka obi Fero dị ike, O geghi kwa ha ntị; dịka Jehova siri kwuo.


Ọ bụ gịnị mere Jehova jiri nye ánya̧ ihe-nrịba-ama nke ndị dibia anwansị Fero mara eme? Na mbụ ánya̧ yiri ndị iberibe.
Amaghị m, mana Chukwu kwuru sị na ọ geme ka obi Fero dị ike. Nke ahụ mezuru n’ihu ánya̧. Ị hụkwara otu iwe siri wee ya ṁgbè agwọ m loro agwọ ụlọ ya nile?
Ka m je chọọ ebe m gekpere Jehova n’ihi amaghị m ihe ọzọ m geme.


Chukwu zutere Mozis ọzọ we gwa ya ihe ọ geme. Ndị Ijipt achịwo Mozis ọchị, ndị nke ya anọnyeghiri ya maka na Fero mere ka mkpagbu ha dị ike, mana Mozis nwere okwukwe n’ime Chukwu ma nubere Chukwu isi agbanyeghi na ọ ghọtaghị ihe neme nu.
Jehova sị, “Maka na ikweghi ezipu ndịm dịka m kwuru, ị ga-amata na Jehova bụ Chukwu n’eziokwu, mmiri nile nke Ijipt ga-aghọkwa ọbara.”


Nka dịkwa egwu. Kedụ otu o si eme ihe ndị a?
Je kpọrọ m ụmụ dibia anwansị m. chi nke Nile gakwa akwụsị ihe a.

Opupu 7:15-21


Leenu, ndị dibia anwansị m emewo ihe ahụ i mere. Agaghịm ekwere ya me ihe ị chọrọ.


Na
ndụm nile ahụtụbeghi m
ihe ọbụla yiri nke a. Ma mmiri
si na nkume ma obere mmiri
aghọọla ọbara. Kedụ ihe ọ
siri bụ aha Chi ya?
Anụbeghim
ka ha kwuputara aha ya.


Nwoke ahụ Mozis sị na Chi ya bụ naanị Chukwu é nwere.
Otu Chukwu? Á kpala m ọchị.


Ụbọchị nke asaa ka mmiri ghọchara ọbara, Mozis we wetekwa ikpe Chukwu n'isi ndị Ijipt.
Ka mmiri a mụpụta awọ ebe ọ dị ukwuu.




Ọpụpụ 7:21-25, 8: 6


Ụlọ m ejuputawo n’awọ.


Ijipt nile ejuputawo n’awọ. Iwe newe chi ányị̄ ha
Kedu ebe ndị n̄chụ́-àjà ányị̄ nọ?


IEIIII!


Gịnị mere ha jiri nemeputakwu awọ? Ọ bụ na nke Mozis mere ejubeghi ányị̄ mere Fero ji neme ọzọ?
Fero leenu, ányị̄ bụ ndị dibia gemenwu kwa awọ.


Ọ bụ na ọ kaghị mma ịhapụ ha ka ha jewe n’ọzara dịka ha yọrọ gị? Ike ụmụ ihe ndịa a gwugo ányị̄.



Kpọ Mozis. Gwa ya na m chọrọ ka ányị̄ kwuo okwu.
Eh Onyeisi, ka ọ dịka I si kwuo.


Rịọrọm Jehova ka o wepu ụmụ awọ a. O mee nka, Á ga m ezipu ndị gị ka unu je chụọrọ ya àjà.
Kwuo oge ị chọrọ ka awọ ndịa nwụsịa ma otu ahụ ka ọ ga-adị.


Ụtụtụ echi.
Otu i si kwuo ka ọ ga-adị, ka madụ nile mara na ọ dịghị Chi nke dịka Jehova.

Opupu 8:7-10


M̀gbè Fero hụrụ na awọ ndị ahụ nwụrụ n’oge ọ sị na ha ga-anwụ, yetichie obi ya. Okweghị ezipu ndị Hibru.
Kedụ ụdị Chi bụ Jehova nke ji awọ wujuo n’ala ányị̄ nile?
Kedụ ihe mere i jiri che na ọ bụ otu n’ime chi mere ya? O nwere ike ịbụ ihe mere onwe ya.


Mana kedụ kwanụ otu Mozis jiri mara na ọ geme we kwupu ya n’oge? Kedụ otu o siri mara ṁgbè awa ha nile ga-anwụ?
Biko mechienụ ọnụ rụọ ọrụ unu ma ọbụghị ya ányī agaghị emecha emecha.


Jehova we gwa Mozis sị ya, “Gwa Eron setịa aka kụọ aja nke ala ka ọ ghọọ igwu nke gejupụta n’Ijipt nile.


Ma aja nile nọ n’ala
Ijipt ghọrọ igwu.
IEEEEE!


Kedụ ihe ị na-asị na ị gaghị emenwu igwu? Ndị madụ geche na Chi ya dị ike karịa nke ányị̄. Sọ aghụghọ ka unu mara aghọ.
Mana Onyeisi, ọrụ a bụ ọrụ nke Chukwu, n’ihi na onweghi ndị gemeli ihe madụ abụọ ahụ neme. Ikike ányị̄ agwuwo.


Á genweriri otu esi akọwa ihe a. Mana ányī agaghị edinwukwa ya. Zipuru Mozis okwu. Sị ya na Chukwu ya wepu igwu a, Á ga m ezipukwa ndị Hibru ka ha je fe ya.
Opupu 8:13-19


Igwu ndị ahụ alala mana agaghịm ahapụkwa ụmụ ohu m ka ha laa. Kedụ ihe ọzọ Chi ya gemeli ?


Chukwu agwawo Mozis okwu si, Á ga m ezitere unu anwụ-nta n’ime Ijipt nile. Ụlọ unu gejupụta n’anwụ-nta. Mana ugbu a Á ga m eme ka ihe dị iche dịrị n’etiti ndị Ijipt na ndị Hibru.
Agaghị enwe anwụ-nta n’etiti ndị m. Site na nka, ụwa nile ga-ama na Á bụ m Chukwu nke ụwa nile.”


Papa, ọ bụ gịnị mere ndị ọchụ́-àjà ányị̄ agaghị egbochunwu nwoke a? Kedụ ebe ike ha dị?
Amaghị m ihe ọbụla maka okpukperechi. Á na m anọrọ onwe m.


Otu o kwuru ka ọ dị. Onweghi anwụ-nta nọ n’etiti ndị Hibru. Ihe a bụ ọrụ aka Chineke.
Je chọta Mozis.


Je chụọnụ ajà unu ma unu apụla site n’ala Ijipt.
Ányị̄ ga-agarịrị njem ụbọchị atọ.
A sị m unu jewe mana unu ejela ebe dị ányá. Ugbu a gwa Chi gị ka ọ bịa wepu anwụ-nta ndị a.


Otu mkpụrụ anwụ-nta anọkwaghị n’ala Ijipt. Nke a bu ọrụebube.
Mechie ọnụ, i nekwuzi ka i nwebewo okwukwe n’ime onye ara ahụ.
Ọzọkwa Chukwu mere ka obi Fero sie ike nke merenu o kweghị ezipu ha.

Opupu 8:20-32


Chukwu we zitere ha otiti ọzọ. Anụmanụ ha nile ma ehi, ma atụrụ, ma ịnyịnya we buru ọrịa anụ arụ. Ha nile we na-anwụsị. Mana anụmanụ ndị Hibru ebuteghi ọrịa ahụ.
Anụmanụ ányị̄ anwụsigo mana ndị nke unu gbasiri ike. Kedụ ka i gesi kọwa nke a?
Mozis sị na ọ bụ Chukwu nke ndị nna nna ányị̄ ha bịara ịgbapụta ányị̄ na nnagbu unu. Mana abụghị m onye oke amamihe, amaghị m maka umu ihe ndị ahụ.


Ndị n̄chụ́-àjà ányị̄ amalitewo ịchụ àjà. Iwe gewe ehi nsọ ányị̄, ọ ga-akwụsịkwa ihe ndịa.


Kedụkwanụ chi nke ndị Ijipt? Ọ bụ na ha enweghi ike?
Gwa Fero na ihe emebiwo. Ehi nsọ ányī nile anwụsịala. Ndị madụ gakwa ewe iwe ma ha nụ na chi ányī enweghị ike ike ikpuchi ha nebe Chi nke ndị Hibru nke madụ adịghị ahụ ányá.


Mana Fero tachiri obi ya.
Opupu 9:6-7

Ọzọ Chukwu gwara Mozis okwu ma sị ya fesa ntụ n’elu obodo ahụ ka otuto wee too ụmụ Ijipt.




Kpọọ ndị dibia, gwa ha kpalie ike ha nile. Chụọnụ àjà nyere chi ányị̄. Meenu ka ihe nke a kwụsị.


Onyeisi Ị kpọrọ m?
Ma gịnwa kwa? Ọ pụtara na inweghi ikike ebe nke Chi nke Mozis nọ?


Si n’irum pụọ! Unu ncha bu ndị aghụghọ n’adịghị ike. Unu na aghọgbu madụ nile mana amaram na ọdịghị ike unu nwere. Kedụ chi unu?


Bilie n’isi ụtụtụ je kwụrụ n’iru Fero gwa ya sị, “Chukwu nke ndị Hibru sị zipu ndịm, maka na otiti na-abianụ ga-aka njọ karịa nka. Ọ gebutekwa mbibi nke gegbu ọtụtụ n’ime ndị unu. Site na nke a ị ga-amatakwa na ọdịghị Chi dị kam.
Ịmaghị nka, mana ọ bụ m mere ka ị bụrụ Fero. Lee ányá, amam na ị ga-akpọchi obi n’ahapụghị ka ndị m pụọ.


Isi ike gị nyere m ohere igosi ike m na iwetakwa ikpe n’elu isi Ijipt maka ihe ọjọọ ha neme ndị m. Ebe i  neme ihe nke gị, ma ịchọghị ime ihe nkem,
echi, n’oge dịka oge a, eluigwe gezokwa mmiri njuoyi na oku nke ụwa n’ahụtụbeghi mbụ.”


"Ihe mere m ji agwa gị bụ ka ị dọ ndị gị aka na ntị ka ha nọrọ n'ime ụlọ, ha na anụmanụ ha. N'ihi na onye ọbụla nọ n'ezi ga-anwụ."
Ọpụpụ 9:8-19


Ya dịrị ka Jehova kwuru.


Kedụ ka ụdị ihe a si eme, njuoyi na ekpemọkụ n’otu ugboro?
Chi ukwu Set, zọpụta ányī.
Ahhhh!
Ndị ahụ nenubeghi isi n’okwu ịdọ- ak- na-ntị ahụ we nwụọ n’ezi.


Papa kedụ otu nwoke ahụ Mozis si neme ihe a? Chi ya ọ dị ike karịa chi ányī nke ọgbaghara na oke ifufe?
O kwuru na é nwere sọ otu Chukwu, makwa na ndị Hibru bụ ụmụ ya.
Mana o nweghi onye hụtụlara Chukwu ha, ma ndị Hibru. Chi ya nke ọ sịrị bụ oke mmụọ chọrọ ka ha je n'ọzara je chụọrọ ya àjà.


Set nke dị ukwuu,chi nke ọgbaghara na oke ifufe, ányị̄ na-arịọ gị ka ị kwụsị ihe ndị n’emenụ. Ányị̄ ma na ị dị ike karịa Chi nke Mozis nke madụ anaghị ahụ ányá.


Opupu 9: 23-26


Ọdịghị abịa ányị̄ nso, sọsọ ndị Ijipt.
Nnam egwu n’atụm. Ọkụ na oyi ahụ ọ ga-adakwasikwa ányị̄?


Eh eh nwam. Jehova na-ata ụmụ Ijipt ahụhụ n’ihi ha egeghi olu ya. Ọ negosi ha na chi nke oke ifufe ha adịghị ike ịnapụta ha.
Ihe nka ajọka.


É mehielam ma megide Jehova. Chukwu nke ndị Hibru bụ Chukwu ezi omume ma mụ na ndịm bu ndị ọjọọ. Rịọ Jehovah ka ọ kwụsị njuoyi na ekpomọkụ a, ma a gakwa m ezipu unu ozugbo ozugbo.


Ka m na-azọpụ ụkwụ n’obodo a, a ga m achili aka m n’elu igwe mee ka otiti a kwụsị. Mana ị gaghị emezu okwu gị n’ihi na egwu Chukwu anọghị gị n’ime.
M̀gbè Fero hụkwara na oke ofufe ahụ kwụsịrị,ya me mmehie nke ka nke. O tichiri obi ya. O kwekwaghị ka ndị Hibru la.


Chukwu zitekwara otiti ọzọ. Ịgụ̄rube bịara richapụ akwụkwọ osisi nile nke oke ifufe ah hapụrụ. Ha we riri riba n'ime ụlọ ndị madụ.
Ọpụpụ 9:26-35, 10:13-15


Nne, nne!
Ewoooooo!
WERE NKE AHỤ!


Geb, chi nke ọhịa na akwụkwọ nri, ọbụ na ịnaghị ahụ ihe Chi nke ndị Hibru a neme ubi ányị̄?
Osiris, me ka ahụ ike gị tata.
Fero kpọrọ Mozis kwe ya nkwa na ọ gezipu ndị ya, mana m̀gbè Chukwu wepuru Igụ̄rube ahụ Fero kpọchiekwa obi ya, jụ na ọgaghị ahapụ ụmụ-ohu ya.
Opupu 10:14-20



Chukwu we me ka ọchịchịrị dakwasị ala Ijipt. Ọchịchịrị ahụ noruru ụbọchị atọ. Kama na be ndị Hibru, ha nwekwara ìhè.
É kwesịrịm igbu gị ka ị nwụọ. Mana m gbuo gị, ọ ga-adizi ka chi ndị Ijipt enweghị ike ebe Chi nke ndị Hibru nọ.


Si n’iru m pụọ. Ụbọchị ọzọ m ga-ahụ ihu gị, ị gakwa anwụ.
Ihe i kwuru bụ eziokwu. Mụ na gị agaghị ahụ onwe ányị̄ ányá ọzọ.


Ra nnukwu chi nke anwụ, nụrụ olu ányị. ụbọchị atọ agaala ma izokwara onwe gị. Ọ bụ na ị gaghị emerinwu Chi nke ndị Hibru?


Kele wụ ya! Oge otiti nke ikpeazu eruola, ṁgbè obi ga-adi Fero ụtọ ịhụ ka ányī hapụrụ Ijipt. N'etiti abalị ta, onye mbibi ga-agafe n'etiti ala ndị Ijipt. Nwa nwoke mbụ n'ezinụlọ nile ga-anwu. N'abalị a Chukwu gekpe mmehie ikpe.
Kedụ maka nwa ányī nke mbụ? Ha ga-anwụkwa?


Chukwu ezitewo mgbapụta nke ọ genye ndị nile kwere nụ ma ndị Ijipt. Jee nu ugbu a, were nwatụrụ ma-ọbụ nwa ewu gbuonu ya na ṁgbède ma werekwa ọbara ya techa n’awara-ụzọ abụọ ma n’ofiere-ụzọ unu.
Jehova sị, “Ka m na-agafe n’etiti ala Ijipt n’abalị a, m hụ ọbara n’ọnụ ụzọ ọbụla, m ga-anọchikwa ụlọ ahụ, ka okpara ya hara ịnwụ.” Nọrọnụ n’ime ụlọ unu rie nwatụrụ ahụ unu gegbu.
Ọpụpụ 10:22-29,11:4-5,12:3-7



Echi, jee na nke ndị Ijipt unu na-arụrụ ọrụ ma rịọ ha ka ha gbazi unu ọlaọcha na ọlaedo na ụmụ ihe ndị ọzọ ọbụla unu chọrọ. N’ihi Chukwu emetuwo ha aka n’obi, ha genyekwa unu ihe nile unu chọrọ.
Kwakọtanụ ngwongwo unu ma dịrị nụ na njikere i sikwa n’obodo a pụọ n’ụtụtụ. Unu agaghị alaghachi n’ebe a ọzọ. Ụbọchị nke ahụ ga-abụrụ unu isi ụbọchị nile.



Nna ányị̄, ihe a bụ sọ atụrụ ányị̄ nwere, ọ bụ na ányị̄ agaghị ejinwu agba uhie tee n’ọnụ ụzọ ányị̄?
Nwam nwoke, ọ bụ ọbara atụrụ ka Chukwu sị ányị̄ were tee n’ọnụ ụzọ. O kwesịrị ka ányị̄ me ihe Chukwu si ányị̄ me. Gị onwe gị ahụla otu o siri ekpe ndị mmehie ikpe. Atụrụ a ka Chukwu ji agbapụta gị site n’ọnwụ.


Nke ahụ pụtara na atụrụ a nwụrụ n'ihi m.
Ma n'ihi m. Á bụkwa m okpara.


Nne, gịnị mere nna ányị̄ jiri were ọbara n’ete n’ụzọ ányị̄?
Jehovah kwuru sị, “N’ihu ọnụ-ụzọ ọbụla m hụrụ ọbara ka m gewere na ha bụ ndị kwere ekwe. M ga-agabiga ọnụ-ụzọ ahụ. Ọdịghị onye ga-anwụ n’ime ezinụlọ ahụ.
Opupu 12:26-28, 35-36


Ọ bụ gịnị mere igbubeghị atụrụ tee ọbara ya n’ọnụ-ụzọ gị?
Ha! I netinye uche n’akụ̀kọ́ ifo? Kedụ ka obere ọbara é tere n’ọnụ ụzọ mee ka ọnwụ ghara ị bịa? Egwu adịghị atụ nwam nwoke. Joikim egwu ọ na-atụ gị?


Mbanụ, i che na m bụ onye ụjọ? Ife Chukwu dịrị ndị na-akpaghị ume. Chukwu dị mma agaghị egbu ndị madụ maka na ha eteghi ọbara n'ọnụ ụzọ ha. Kedụkwanụ maka ndị na anụbeghi?


Nna ányị̄, ọ bụ ginị mere abalị a ji dị iche karịsịa abalị ndị ọzọ?
Ọ bụ maka na Chukwu gezite mmụọ mmebi ya ka o je tigbuo okpara ndị ahụ n’ekweghi ekwe. Mana ọ hụ ọbara n’ọnụ-ụzọ ọbụla, ọ ga-agabiga ụlọ ahụ.
Nke a ga-abụ ụbọchị nke mbụ nyere ányị̄. N’ụbọchị a n’afo nile n’abịanụ, ányị̄ ga-añụrị n’ụbọchị ngabiga nke Jehova. Ányị̄ gechetakwa otu Chukwu siri gbapụta ányị̄ n’aka Fero.


Ewoo nna ányị̄, le ka ha na-eti mkpu! Mmụọ nke mmebi ahụ dịka ọ bịala!
Ụjọ atụla unu. Ányị̄ emewo ihe Chukwu sị ányị̄ me. Ọbara dị n’ọnụ-ụzọ ma ányị̄ n’erikwa atụrụ ahụ ányị̄ gburu.


Okpara m anwụọla! Chi mo, unu je kpọta Mozis!
Ọpụpụ 12:28


Ieeeeee!
Chukwu mba! Ọ bụghị ma nwam o!
Mbaaaa!


Mesie obi gị ike, nke ahụ agaala. A gwara gị ya agwa mana i kweteghi. Ọtụtụ ndị anwụọla n’abalị a.
Ka mmụọ mmebi ahụ nọ nefeghari n’ala Ijipt n’abalị ahụ, ọtụtụ puku madụ nwụrụ. Kama onweghị ndị bụ ndị kwere ekwe, ndị tekwara ọbara n’ụzọ ha nwụrụ nụ.


Okpara ányị anwụgo!
Me ngwa ngwa kpọta Mozis ebe a!


Ọ bụ okpara nke ụlọ ha!
Ọ bukwa gịni...?
Ọpụpụ 12:29




Ọzọkwa,Fero
kpokue Mozis.


Mana Fero eleghi
Mozis ányá n’ihu.




Dịka Chukwu siri kwe ndị nna nna ha
na nkwa, m̀gbè puku afọ anọ gasiri, ha
hapuru Ijipt. Ndị Ijipt nyere ha ọlaedo,
ọlaọcha, nri na ihe ndị ọzọ dị iche iche.
Obi ụtọ jupụtara ebe nile n’etiti ndị
Hibru: ụbọchị nke mbụ, obodo ọhụrụ.




Ọpụpụ 12:31-38,13: 21-22



# CHAPTER 4

# ỌPỤPỤ


Ha so ogidi ahụ n’azụ we ruo ebe oke ugwu nọgasị ya na oke osimiri uhie ahụ nọ. Ebe ahụ ka ha kwụsịrị na-akpa nkata otu ha gesi gafe oke osimiri ahụ.


Ǹgbè Fero bechara akwa okpara ya nwụrụ anwụ, iwe ya we laghachi nke ukwu. Ọ bụ gịnị mere o ji kwe ka ụmụ ohu ya lasịa?
Kwadonu ịnyịnya agha. Chụbanụ ndị Hibru ma kpọghchite ha. Ma ọ bụghị otu ahụ, Gbuo ha nile.
Ọ ga-adị ka i si kwuo Onye-eze.
Opupu 14:5-7


Lekwanụ na ụmụ agha ndị Ijipt na-abịa. Ọzara nke a aghọọla ọnya nyere ányị̄.
Mozis kpọpụtara ányị̄ ebe a ka ányị̄ nwụọ.Ọ kakwa mma ịdị ndụ dịka ohu kama ịnwụ n’ebe a Chukwu chezọrọ echezọ.


Onweghi ihe Chukwu gejinwu zọpụta ányị̄ ugbua.
Ányị̄ nọ na ndịda ma oke mmiri nọkwa ányị̄ n'ihu. Nke a bụ ọnya ányị̄ nọ n'ime ya.
M̀gbè ndị Ijipt ahụ hụrụ ndị Hibru ka ha nọsị nenweghi ike agha, ha chetakwara ihe nile Mozis mebisiri n'ala Ijipt we kachie obi igbu ha.


Kwụrụ ebe ịkwu, Chukwu ga-azọpụta ányī n’ụzọ dị egwu.
Chukwu akpọchiwo obi Fero ọzọ. Ǹgbè tata gasịrị, unu agaghị ahụkwa ndị agha Ijipt a ọzọ.
Ọpụpụ 14:5-13


Ǹgbè ọ dịka ndị agha Ijipt ga-adakwasị ndị Hibru, nnukwu ogịdi ọkụ we si n’elu igwe daa ma nọchiere ha ụzọ. N’abalị ndị Hibru nwekwara ìhè mana ndị Ijipt nọ n’ọchịchịrị.





Opupu 14:15-22


Nke a kaṛiṛị ihe nile ányī hụrụ na Ijipt.
N,ezie, Chukwu ányị nefe kaṛiṣiṛị Chukwu nile! Ányī nọ n’etiti oke mmiri.


Josaịa isi ọ dịkwa gị mma? Si n’ebeahụ pụọ! Ị makwa na ịmaghị egwu mmiri!


A chọrọ m imetụ ọmalịcha azụ a aka.


Ǹgbè ọ fọdụrụ obere ka ndị Hibru gafecha, Chukwu we wepụ ngalaba ọkụ o jiri gbachie ndị Ijipt ihu. Ha ahụghị ǹgbè mmiri ahụ kewara, ya mere ha jiri chụrụ ndị Hibru ahụ n’aga n’ike n’ike.
Ganihu, gbuo nụ ndị Hibru!
Ọpụpụ 14:22-23


Tata unu ahụla ike Jehova!
Lee ányá mmiri ahụ alaghachiwala. Ha nile ga-anwụ.


Ụmụ agha Ijipt nile nwụrụ n'ime oke mmiri ahụ. Chi ha nke osisi na nkume, enweghị ike zọpụta ha.
Ọpụpụ 14:27-28


Leenu ozu nile a. Oke mmiri a juputara na ụmụ agha Ijipt nwụrụ anwụ.
N’ezie, Jehova bụ sọ chi kere ihe nile. Ọdịghị chi ọzọ gemenwu ihe nke a. Ányī agaghị echefu ụbọchị nke a echefu.

Ha we hapụ oke mmiri ahụ ya na ụmụ agha Ijipt nwụrụ anwụ n'azụ ha. Ụmụ Hibru we soro Mozis na ogidi-oji ahụ we bulie njem n'ime oke ọzara ahu. Ha nọkwa na-eri ma na-añụ ihe ndị ha jiri site n'Ijipt pụta.



M̀gbè ọtụtụ ụbọchị gasiri, ogidi ahụ du ha n'eje we kwụsị n'akwa mmiri. Ndị Hibru we nọrọ ebe ahụ zuo ike. M̀gbè nadịghị ányá, ihe ha neri gwụkwara. Onweghị ebe nọ nso ha geje we gote nri ha geri. Obi we ma ha jijiji.


Ányị̄ kara ị nọ n’Ijipt bie ọfụma karịa ebe a. Mgbè ányị̄ bụ ụmụ ohu, ányị̄ nwere ihe oriri mana ebe a, ọdịghị ihe ányị̄ nwere.
Eziokwu, ị kpọtara ányị̄ ebe a ka i were agụụ gbuo ányị̄?



Geenụ ntị. Ọbụghị mụ ka unu kwuru okwu megide, ọ bụ Chukwu nke n’edu ányị̄ ije ka unu nekwu okwu we megide.
Jehova sị na Ọ geme ka achịcha si n’elu zo dịka mmiri. Kwa ụtụtụ unu ga-ahụ achịcha ka o kpuchiri ala nile, unu tụtụrụkwa ya rie.


Kedụ ihe Mozis nekwu? Kedụ ka ányị̄ gesi nwete nri? Agụụ n’agụ ụmụazị.
Ọ sị na Jehova geme ka achịcha zo ka mmiri kwa ụtụtụ.


Chi abọwala. I kwere na achịcha ga-anọ n’ala dịka Mozis kwuru?
Aguụ gegbu ányị ma ányị ahụghị.
Ịnụtụla na achịcha si n’elu igwe da?
Mba, mana anụtụbeghi m na á wara ụzọ n’ala oke osimiri. Chukwu nke Mozis ga-abụ ya kere ụwa nile. Echeghi m na ọ ga-ara ya ahụ ime ka achịcha si n’elu igwe da. Bịa, oge eruwo. Ka ányị je lee.
Opupu14:21-22,30,16:2-3,7-8


Achịcha elu igwe, dịka Mozis kwuru.
Kedụ ihe mere ányị ji anaghị ekwete?


Lee! Ọ dị ebe nile.
Oh!Ọdịkwa ụtọ dịka mmanụ anụ.
N’ezie Jehova bụ Chukwu ma Mozis bụ onye ozi ya.


N’oge nile ha nọ n’ime ọzara, Chukwu jikwa nri ndị mmozi we nye ha ka ha rie.
N’oge nile ogịdi ahụ kwụrụ na nzukọ ndị Hibru, ha nọrọ na akwa mmiri ahụ we neri achịcha eluigwe. Oge ruru m̀gbè ogịdi ahụ biliri, ha we kwakọta ngwongwo ha we soro ya ba n’ime ọzara nke ha na amaghị ụzọ.


Oge rukwara m̀gbè mmiri kọrọ ha.
O nyechara ányị̄ achịcha chọzi iji agụụ mmiri we gbuo ányị̄.
Nwa m nwányị̄ ga-anwụ ma ányị̄ ahụghị mmiri ngwa ngwa.




Ọpụpụ 16:14-15,17:2-4;
Abu Oma 78:24-25


Chukwu gwara Mozis ihe ọ geme.
Bịanụ hụrụ ike nke Jehova. M̀gbè nile unu nọ na ntamu.


O nye buru unu achicha, mana ugbua, ọ genye unu mmiri site na nkume nkịtị a.


WHACK!
Ieeee!
Ọpụpụ 17:5-6


Mmiri ahụ
sụpụtara
dịka iyi.



Ọzọ, ogịdi ahụ we kulie, ndị Hibru we kwakọta ibu ha we soro ya bawa n’ime ọzara rue n’ugwu nke a na-akpọ Saịnaị.




Ọpụpụ 17:6, 19:1-6, 9


Gwa ha na ọ bụrụ ma ha nubere m isi, Á ga m eme ha ndị nkem dị iche karịsịa mba dum dị n’ụwa nile. Ha nubere m isi, ha ga-abụ ndị alaeze ndị n̄chụ́-àjà.
Mozis, n chọ igwa gị okwu, m ga-abịa n’ogidi ojī ka ndị a we hụ n’ányá, nụ na-ntị ma marakwa n’eziokwu na ọ bụ m.


Mozis si n’ugwu ahụ we rịdata we gwa ndị ahụ ihe Chukwu kwuru.
Ányī gerube isi. Ányī geme ihe dum Chukwu sị ka eme.
Ọ bụrụ otu ahụ, je sachanụ uwe unu na onwe unu kwado ife Chukwu. Meenu nke a site ugbu a ruo ụbọchị nke atọ. N’ụbọchị nke atọ ahụ, Chukwu ga-abịa n’etiti unu.


Dịka Chukwu nyere ha iwu, n’ụbọchị nke atọ ahụ, ọgbakọ ụmụ Izrel nile zukọrọ n’ukwù ugwu ahụ iche ka Chukwu gwa ha okwu. Ogidi ahụ gbadatara n’elu ugwu ahụ, nka we me...





Mozis, Á bụ m Jehova nke kpọpụtara gị site n’ala Ijipt. Ịgbatuo n’ugwu a, were ogịge gbachie ya gburu gburu.
Onye ọbụla meturu ugwu a aka ga-anwụ. A ga m enyekwa gị iwu iri nke ị ga-agwa ụmụ Izrel.
Opupu 19:7-25


Gị enwela chi ọzọ tinyerem.
gị emerela onwe gị arụsị
gị eburula aha jehova ime ihe efu
cheta ụbọchị izu-ike ma dò ya nsọ
sọpụrụ nna gị na nne gị
Gị egbula madụ
gị akwala iko
gị ezula ori
gị agbala ama ụgha megịde madụ ibe gị.
gị enwela ányá ukwu na ebe ihe madụ ibe gị di

Opupu 20:3-17




Ọpụpụ 20:3-4, 32:15-20


Gị egbula madụ
gị akwala iko
gị ezula ori
gị agbala ama ụgha megịde madụ ibe gị.
gị enwela ányá ukwu na ebe ihe madụ ibe gị di
Ọpụpụ 20:3-17


Ǹgbè Mozis si n’elu ugwu ahụ rituo, ọchịkọtara ndị ichie nke ụmụ Izrel nke dị iri asaa n’ọgụ. O we gwa ha iwu iri Chukwu nyere ya.
Ányị̄ gemezu ya.
Ha bụkwa ezi iwu.
Unu bụ ndị ichie iri asaa gesokwa m laghachi n’ugwu ahụ. Chukwu gakwa ezute unu ebe ahụ ka o siri zutem. Unu gejikwa ányá unu hụ. Ka m bụ ụzọ dee iwu ndị a n’akwụkwọ.

Mozis tinyere uche n’ihe ọ na-ede. O dekwara ya otu Chukwu si we gwa ya. Mmụọ nke Chukwu nyere ya aka ka o ghara idehie ihe ọbụla.




Ṁgbè Mozis dechara okwu ndị ahụ, ọ chịkọtara madụ nile we gụọro ha ya.
Ihe nile Chukwu kwuru dị mma, ányị̄ geme kwa ya.
N’ihi nke a obodo Izrel na Chukwu we nwe ọgbụgbandụ. Chukwu ga-agọzi ha, nye ha ndụ ma gbapụta ha n’aka ndị iro; ha na onwe ha ga-enubere iwu Chukwu nile isi, ma me ihe ha dum n’usoro eziomume.

Chukwu nyekwara Mozis iwu ka ọ chụọ àjà ma were ọbara anụmanụ ahụ fesa ụmụ Izrel.




Ha nile bụ ndị mmehie kwesịrị ọnwụ, ma Mozis ma Eron. Mana Chukwu dị obi ebere. O mehere ụzọ mgbapụ site n’ịgbụ atụrụ nenweghi mmehie ma fesakwa ọbara ya n’elu ndị ya.

Chukwu gejikwa nke a kpuchie mmehie ha kama igbu ha otu kwesịrị nụ.
Atụrụ ahụ nekwesịghị ọnwụ nwụrụ ọnwụ n’ihi ndị kwesịrị ọnwụ.




Ndị ichie iri asaa nke ụmụ Izrel
we soro Mozis rigoro n’ugwu
ebe Chukwu gwara ya okwu

Na mberede, oche eze Chukwu pụtara n’ihu ha.




Ndị ichie iri asaa nọzi n’ele ka Mozis rigoro n’elu ugwu ahụ ma fuo n’ime ebube Chukwu nke nenwu ọkụ.
Lee mma!
Na ebube.
Ọdịghị nwoke dịka Mozis ya na Chukwu nekwu okwu ihu na ihu

Opupu 24:9-10


Mozis me ka ụmụ Izrel ruọrọ m ebe ofufe ebe ha ga n’efe m. Ọ genwe ebe unu ga na-áchụàjà ya na ebe nsọ ebe mụ na onyeisi n̄chụàjà ga nezite otu ugboro n’ime afọ n’ogbo unu nile.
A ga m agwa gị otu i gesi rụọ ebe ofufe ahụ. Egbo Levi ga-abu ndị n̄chụ́-àjà m, Eron, na ụmụ ya n’eso ya, ga-abụkwa ndị isi n̄chụ́-àjà. Ha ga-akuziri ụmụ Izrel eziomume ma chụọrọ ha àjà ma ha mehie.


Oteela Mozis banyere n’ime ọkụ nọ n’ugwu ahụ. Echeghi m na ọ ka dị ndụ.
Eziokwu ányị̄ agaghị anọru ala n’ime ọzara ebighiebi.
Anyị̄ chọrọ chi ozo ga-edu ányị̄ otu Mozis siri duo ányị̄.
Ka ányị̄ were ọlaedo rụọ oyiri nye chi ányị̄.


Mozis anwụọla, Eron ga-arụrụ ányị̄ chi ọlaedo nke gedughachi ányị̄ Ijipt.
Nye ányị̄ ọlaedo gị.


Ndị nzuzu ahụ jiri aka ha rụọ oyiri ehi kpọ ya chi. Oyiri mbụ ekwensu tupu omehie bụ oke ehi. Amaghị ama ekwensu bara ụmụ Izrel n’ime obi, me ka ha fewe ya.
Eron nubere ha isi we nyere ha aka irụ chi nke ọlaedo ahụ.
Ọpụpụ 20:4, 25:8-9, 32:1-4, Ezikiel 1:10, 10-14, 28:14


Eron mere iberibe nke ukwu. Ọ makwara na oyiri ahụ abụghi Chukwu ma na egwu ụmụ Izrel nọ n’atụ ya.
Lekwe chi unu nke kpọpụtara unu site n’ala Ijipt. Echi ányị̄ ga-achụ́-àjà ukwu we fe Jehova.
Chukwu enyela ha iwu ka ha ghara irụpụta oyiri nke ga enyere ha aka ife Chukwu mana ha mere ihe dị ha n’obi.


Umu Izrel gbara egwu, gba onwe ha ọtọ, nụọ mmányá n’egbu egbu ma kwaa iko. Chukwu kwadoro ibibi ha makwa i ziga ha n’ọkụ mmụọ ebe ọ kwadoro ekwensu na ndị mmozi ya.
Chukwu gwara Mozis okwu sị, “Ggbatuo ugbu a. Ụmụ Izrel emehiela mmehie nke ukwu. Ha agbala onwe ha ọtọ ma na-agbakwa egwu n’ihu arụsị. É kwesịrị m ịkugbu ha nile. Obi ha siri ike. Ha adịghị agakwa n’ụzọ eziomume.”

Ọpụpụ 32:5-10


Iwe were Mozis mgbe ọ hụrụ na ndịa echezọla Chukwu we rụọrọ onwe ha arụsị.
Unu emehiela iwu nke Chukwu.


Mozis we kụwasịa nkume ahu é jiri we de iwu Chukwu.


Ọ bụ na ọ sighị enwela chi ọzọ ma ọ bụghị Jehova? Arụsị i ji aka gị ke ọ ga-abụ Chineke?
Mozis we kụwasịa oke ehi ọlaedo ahụ gwerie ya.
Ọpụpụ 20:3-4, 32:15-20


Ọ bụrụ na ị nọnyere Jehova, bịa kwụrụm n’akụkụ.
A ga m eso Chukwu nke wara oke osimiri, ọbụladị na m ahụghị ya ányá.
Ányī geso Chukwu nke Abraham, Aịzik na Jekop.



Ụgwọ mmehie bụ ọnwụ. Jehova sị na ha ga-anwụriri. Ugbu a werenu mma unu je gbuo ndị nile fere arụsị.


Madụ puku atọ ka é gburu n’ụbọchị ahụ.
SLICE!
Mbaaa!
Me ebere!
Ọpụpụ 32:26-28

Mozis rigoro n’elu
ugwu ahụ, ma
Chukwu we dere
ya iwu iri ahụ n’elu
nkume ọzọ. M̀gbè
Mozis gbaturu, o
gosikwara ha iwu
Chukwu dere na
nkume ndịahụ
ha we kwete na
ha ga-enube isi.




Chukwu sị na obi unu siri-ike ma unu bụkwa ndị n’enupu isi. M̀gbèahụ unu mehiere, ọ gwara m na ọ chọrọ itigbu unu nile mana é kpere m unu ekpere, o we sị na ọ gewepụ mmehie unu. Jehova nwere obi ebere ma ọ na-agbagharakwa mmehie.


Chukwu enyewo ntuziaka otu é si ewuru ya ebe-obibi nke ụlọ-ikwu nzute. Ányị̄ me ihe nile dịka osi kwuo, ọ gezite ányị̄ n'ebeahụ. Ebe ányị̄ nile bụ ndị mmehie, Chukwu emehewo ụzọ ányị̄ gesi na-abịa ya nso.
Ndị egbo Levi ga abụ ndị n̄chụ́-àjà kwa ụbọchị. Otu ụbọchị n'ime afọ, ha gejikwa ọbara fee n'elu ụgbọ nke ọgbụgbandụ. Chukwu hụkwara ọbara n'elu ụgbọ ahụ, dịka o si me n'Ijipt, ọ gewepu mmehie ányị̄, ányị̄ agaghị anwụ. Ọ bụ otua ka Chukwu gesi gbaghara ányị̄ mmehie ányị̄.


Ha we wucha ebe-obibi nke ụlọ-ikwu nzute ahụ, ma ndị n̄chụ́-àjà bidokwara ịchụ àjà kwa ụbọchị. M̀gbè Chukwu hụrụ okwukwe ndị ahụ n'enye ya onyinye ọbara anụmanụ, o wepukwara mmehie ha.
Mana obi adịghị ụmụ Izrel ụtọ maka ọzara ahụ ha nọ n'ime ya, nke mere ha ji na-atamu ntamu m̀gbè nile.
Oge ruru m̀gbè ntamu ha na enweghi-okwukwe ha mere ka Chukwu kpe ha ikpe.




Ọpụpụ 34:28-32, 39:32; Ọnụ Ọgụgụ 21:5-6


N’egbughi oge, agwọ
juputara n’ebe obibi ha


Chukwu biko nyere ányị̄ aka!


Ma n’ime ụlọ ha ka agwọ ndị ahụ batakwara.
HISSS!


Nyere nụ m aka. Ọ tawo m.


Mbaaa!




Ụmụ ntakịrị sokwa taa ahụhụ mmehie nne na nna ha.

Ọnụ Ọgụgụ 21:6


Mkpu akwa na ntaramahụhụ nọ n’ada site n’ebe obibi ụmụ Izrel nile. Ụgwọ ọrụ nke mmehie jọrọ njọ.
Otu a ka ọ dị n’ụlọ ikwu a nile. Oge na-aga ọ na-ajọkwu njọ. Ọtụtụ madụ anwugo kwa.
Ányị ga-achọtarịrị Mozis n’ihi na nke a bụ ọrụ Chukwu. Iwe n’ewe ya maka mmehie ányị.
WHACK!


Ị ga-agwarịrị Chukwu okwu. Ányī kwesịrị ikpe a nke o kpere ányī mana rịọ ya ka o me ebere.
Kedu ṁgbè ndị a ga-aghọta na Chukwu ejighi mmehie egwu egwu? Ha gemezu iwu ya nile ma bụrụkwa obodo di nsọ.




Onu Ogugu 21:7


Chukwu azawo ányị̄. Nanị le ányá n’agwọ-ọla ahụ, ma i genweta onwe gị.


Ọ na-aga ịnwụ.
Mba! Chukwu emeworo ányị̄ ebere. Sọsọ mepe ányá gị le. Le ányá ka ị dị ndụ.



Ọ bụkwa ọrụebuebe!
Ka ányị̄ je gwa ndị ọzọ.
Ọ gworo m! A ga m agwa ndị ọzọ.





Ọnụ Ọgụgụ 21:9


Kedụ ihe mere i ji enye ya nchekwube n’efu?
Ndị ọzọ elewo ánýá, arụ we dị ha mma.
Ọ bụ na ị naghị ahụ na m na-anwụ anwụ? Gịnị mere i ji were iberibe gị na-esogbu m?



Ọ nwụọla.
O wutere m kama ọ nwụrụ maka na o nweghi okwukwe.
O nwere nnukwu okomoko.


Ọzọ, ụmụ Izrel hụkwara ike nke Chukwu n’ụbọchị ahụ. Ha mekọtakwara ihe ha we pụọ n’ebe ahu agwọ ndị ahụ nọ ma biwekwa ọfụma.
Mana ụmụ Izrel jisiri ike n’eme ihe nke masịrị ha, ma n’adakwa iwu nke Chukwu.


Ụmụ Izrel sokwara ogịdi ahụ n’eje. Chukwu nyere ha achịcha eluigwe dịka nri ma nyekwa ha mmiri ha ga na-añu.
Chukwu gara eduba ha n’ime ala ahụ nke o kwere ha na nkwa, mana ha bụ ndị nnupu isi ma ha ekweghi edebe iwu ya. Nke a mere Chukwu jiri kpọrọ ha nejeghari n’ime ọzara. Ha jere njem ogu afọ abụị mana ha abaghị n’ime ala nkwa ahụ Chukwu kwere ha.
Ọnụ Ọgụgụ 21:9, 32:13


Mozis o dịka i chere na ọ bụ sọsọ gị di nsọ. Ányị ncha dị kwa nsọ ka gị. Nke bụ eziokwu, ụmụ Izrel nile dị nsọ. Ọ dịghịkwa onye mmehie nọ n’ime ányị . Chukwu n’onwe ya bi n’etiti ányị. Ányị achọzighi ka gị na Eron na agaghari na-agwa ányị ihe ányị geme dịka unu bụ ndị eze ikpe na-achi ányị. Ányị makwara ekpe ikpe dịka unu.
Eh, ike agwuwom ijeghari n’ọzara a. Obere ihe Chukwu a netigbu ányị nenweghi ezigbo ihe ányị mere ya.
Eh, o bụ Mozis kpatara ya, okoloto ya dị oke elu.


Mozis we je ebe obibi ụlọ ikwu ahụ we jụọ Chukwu ihe ọ geme.





Ọnụ Ọgụgụ 16:2-6



M̀gbè echi ruru.
Bịanụ nso, unu bu ndị sị na unu dị nsọ, unu chọrọ ịbụ ndị ñchụ́-àjà ga-achị ụmụ Izrel.


Chukwu gezute ányị ebe a ta, ma ọ ga-aghọrọkwa onye ọ chọrọ. Ányị nile ga-ahụkwa ike na ebube ya.


Si n’etiti ndị ajọ madụ a pua maka na m ga-etigbu ha ugbua.




Ọnụ Ọgụgụ 16:19-24


Nke a ga-abụ ihe ntule. Ma ndị ikom a, anwụghị site n’ọrụ ebube, mara na mụ bụ onye amụma nke ụgha.
Mana tata unu ga-ahụ ihe dị iche. Ala ga-emeghe ọnụ ya we lo ha na ihe nile ha nwere, loba kwa ya ala mmụọ. Nke a ka unu geji mara na ha mehiere Chukwu, mara kwa na mụ bụ onye amụma ya.


Nyere ányị aka!
Yieee!
MBAAA!

Ọnụ Ọgụgụ 16:28-33




Ala we meghe ọnụ we loo ụmụ nwoke ahụ chọrọ ibụ ndị n̄chụ́-àjà, ha we daba n’ime ọkụ mmụọ ebe Chukwu mebere ekwensu na ndị mmọ ọjọọ ya.


Tụtụrụ ọla ha na ihe ị́gụ̄-ọkụ ha. Were ya me ihe mkpuchi nke ebe n̄chụ-àjà.
Ma unu hụ ọla ahụ ka o kpuchiri ebe n̄chụ́-àjà, unu gecheta ụbọchị a m̀gbè ụmụ madụ leturu iwu Chukwu ányá ma chọkwa ime onwe ha ndị n̄chụ́-àjà ya.
Ụbọchị ahụ bụ ụbochi ụmụ Izrel nenweghi ike ichefu. Chukwu mere ya pụta ihe na Mozis bụ onye amụma ya makwa na ọ bụ sọ onye ya bụ Chukwu ji aka ya tụọ, ga-abụ onye n̄chụ́-àjà.


Ebube Chukwu nọ n’akwu n’elu ebe-obibi ụlọ ikwu nzute ahụ m̀gbè nile, ma ụmụ Izrel sokwara Mozis, n’enweghi ntamu dịka Chukwu nọ n’edughari ha n’ọzara ogu afọ abụọ.
Ebube Chukwu nọnyere ányị̄ ma ọ nenyekwa ányị̄ achịcha nke elu-igwe.
Chukwu nọkwa n’ezoro ha achịcha dịka mmiri, ma o nyekwara ha mmiri site na nkume. Ogidi-ọkụ kpuchiri ha n’abali ma ogidi-oji kpuchie ha n’ehihie. Ha weturu obi we mụta ka esi edebe iwu Jehova.
Ọnụ Ọgụgụ 16:37



Ndị n̄chụ́-àjà lekọtara ụlọ-ikwu ahụ ányá we na-achụ àjà kwa m̀gbè dịka Mozis jiri kwuo.



Ṁgbè ogu afọ abụọ gasịrị n’ime ọzara, dịka madụ ọbụla nile nọ na-akwado ibanye n’ala Chukwu kwere ha na nkwa, Chukwu we si Mozis gbagote n’elu ugwu.  Ṁgbè ha kwuchara okwu ya edinara ala jiri nwayo, nwuo.





Ihe dka otu puku afọ, narị anọ na iri ise na otu tupu Kraịst – Deuteronomi 34:4-5


Afo nari ise agaala kam̀gbè Jehova kpọrọ Abraham sị ya hapụ ndị ya je n'ala Chukwu ga-enye ya.
Nkwa Chukwu kwere Abraham na Sarah ime he obodo ukwu site na nwa ha Isaac mezuru. Ndị ikom iri na abụọ ndị bụ ụmụ Jekop nke a gbanwere aha ya o we zawa Izrel, aghọkwala egbo iri na abụọ tinyere igwe madụ.


Ha si n’ụmụ ohu, gagharịa n’ime ọzara ha na Mozis, nata Iwu Chukwu, ma ugbua, ha ejewo iba n’ime ala nke ekwere ha na nkwa. Site na m̀gbè ha bidoro gaghariwa n’ime ọzara ahụ é nwere otu nwata nwoke nke na esoghari Mozis m̀gbè nile. Ọ nọ na-elekiri ya ma nakwa amụta otu esi edu ụmụ Izrel.


Nwata nwoke ahụ mechara bụrụ dike n’agha ahụ aha ya bụ Joshua.


M̀gbè Mozis jere nonyere chukwu, Joshua bụ onye ọzọ Chukwu họrọ ka o duo ụmụ Izrel banye n’ala Chukwu kwere ha na nkwa.
Ụmụ Izrel chetara amụma ahụ na ha ga-abụ ndị ọbịa n’ala ha na-amaghi makwa na m̀gbè afọ narị anọ gasịrị, a gedughachikwa ha n’ala ndị nna ha. Chukwu emezuwo okwu ya.




Deuteronomi 34:9; Joshua 5:12



ISI 5

# Alaeze


Ányī na-enye gị onyinye nwatakịrị a n’ọdịghị ihe o mere, onyenweanyị baal. Ka ọbara ya me ka iwe gị la.
A ga m enye nwa m iji kwụọ ụgwọ mmehie mkpụrụobi m.
Ndị bi na Palestin, ala ahu ụmụ Izrel batara n’ime ya, bụ ndị ọjọọ. A na-akpọkwa ha ndị Kenan. Ha nwere asụsụ dị iche na nke ndị Isreal, ha nejikwa madụ achụ-àjà ma nefekwa arụsị ejiri ọla dị iche iche na osisi we me.





Mbido 14:18, 20:7; Ọnụ Ọgụgụ 22:4-8;
Deuteronomi 18:9-11



Ndị ahụ n'efe arụsị, ndị bi n'ime ala ahụ é kwere ụmụ Izrel na nkwa, lụsoro ụmụ Izrel ọgụ mana Chukwu nyere ndị ya ike i meri ha n'agha.


*Egwu atụghị gị ibata n'ime ụlo nsọ!*
Ịgaghị egbuzi ụmụ ntakịrị ọzọ.


Oge agha ọbara ahụ bịara na mmezu, ndị Hibru meriri ndị iro ha, ala nile ahụ we tọgbọrọ n’ihu ha. Joshua we gwa ha okwu.
Nna nna ányị̄ nke mbụ Abraham, si n’ime mba n’efe arụsị pụta. Chukwu we gwa ya okwu, kwe ya nkwa na ọ geme ya ka ọ bụrụ obodo ukwu.




Joshua 24:2-14


N’ime ala ọhụrụ ahụ, ha nọ n’udo. Onye nile nwere ubi ya ma nwekwa ihe oriri dị ukwu. Chukwu goziri ha karịsịa madụ nile.
Bịa rienu nri.
Ka ányị̄ bụzọ wepụta nkume a.


Dịka Chukwu siri kwuo, ụmụ Hibru mụbara we ju ala ahụ nile. N'ime obodo ha dum é nwere ihu ọma na ikpe ziri ezi. Aha obodo ọhụrụ a bukwa Izrel.
Udo dịrị gị nwanne m nwányị̄. Kedụ ka azụ dị tata?
Ọ bụ azụ ọhụrụ esetara tata, dịka m̀gbè nile.


Jehova emeriwo ndị iro unu mana a ka nwere ofufe arụsị n’ime ala a. Ghọrọnụ ta, onye unu geso; ma-ọbụ chi ụgha ndị unu bi n’ala ha ma-ọbụ Chukwu nke Abraham. Mana mụ na ezinụlọ m gefe Chukwu.
Chukwu ekwela na ányị gefe chi ọzọ we hapụ Chukwu ányị nke zọpụtara ányị site n’ Ijipt ma duokwa ányị n’ime ọzara.
Ányị nekwe nkwa na ányị gefe nanị Chukwu.


Chukwu chụpụkwara madụ nile site n'iru ányị̄ ma ndị Amọraịt ndị bi n'alaa tupu ányị̄ abịa. Ya mere ányị̄ gefe Onyenweányị̄ n'ihi na ọ bụ ya bụ Chukwu.
Chi ányị̄ dị nsọ; ma bụrụkwa Chukwu ekworo; unu hapụ ya soro arụsị, ọ ga-atụgharịkwa merụọ unu ahụ ma tigbuo unu.


Unu bụ ndị akaebe megide onwe unu na unu aghọrọwo Onyenweányị̄, sị na unu gefe ya.
Ányị̄ bụ ndị akaebe.
A ga m ede n’ime akwụkwọ a, ọgbụgbandụ nkea unu na Chukwu mere ta.
Dịka ányị̄ siri rubere Mozis isi n’ihe nile, ányị̄ genubere gị isi; nanị ka Onyenweányị̄ nọnyere gị ka o si nọnyere Mozis. Onye obula nupuru iwu Chukwu isi ga-anwụ.


Ndị n’achi ụmụ Izrel bụkwa ndị ikpe ndị ha na Chukwu nekwu okwu ma ha na-agụkwara ọha Izrel akwụkwọ nke ahụ Mozis dere. Ha kọwakwara Iwu nke Chukwu ma duokwa ụmụ Izrel n’inubere Chukwu isi.
Gịnị ka Iwu Chukwu kwuru maka ehi gburu madụ.
Mozis kwuru sị onye nwe ehi ahụ ga-akwu ụgwọ ihe nile o mebiri, ma a gegbukwa ehi ahụ.
Ọpụpụ 21:28-29; Joshua 24:15-24


N’obere oge ụmụ Izrel chetere ọrụebube Chukwu rụrụ ha site n’aka Mozis na Joshua. Ọñụ juru ha obi n’ihi ha anọzighi na mmegbu ndị Ijipt. Ha fere Jehova chụọkwara ya àjà dịka o sịrị nye ha iwu.
Nna ányị̄, ọ bụ gịnị mere ndị ọ̄chụ́-àjà jiri chọ igbu atụrụ ányị̄? Ọ bụ na mmụọ mbibi ahụ ga-agafete kwa ọzọ dịka o sịrị mee n’Ijipt na m̀gbè ochie?
Mba nwa m ọdịghị mmụọ mmebi na-abịanụ kama ọbara atụrụ a gekpuchi mmehie ányị̄ mekwa ka ányị̄ bụrụ ndị anabatara anabata n’iru Chukwu.


Ụmụ Izrel kwere Joshua na nkwa na ha gefe Chukwu ma debekwa iwu ya nile, mana ọ bughị ha dum mezuru okwu ha
Oge ọ dịka ọrụebube Chukwu ọ kwụsịtụrụ, ndị ogbo Izrel ndị so Joshua ha n'azụ chefukwara Chukwu ebighịebi. Ha malitere ife arụsị ma na akpoku ndị nna nna ha nwụrụ anwụ.



Ndi Ikpe 3:7-8, 12-13,4:1-2, 10:6-7



M̀gbè ikpe dara n’elu isi ụmụ Chukwu, ha chetakwara Iwu Ya we kwuputa ma chegharịa site na mmehie ha.
Jehova biko gbaghara ányị̄ mmehie ányị̄ ma nyeghachi ányị̄ udo.
M̀gbè ha kwuputara mmehie ha dum, o gbaghara ha ma nyeghachi ha ala ha.


Ọzọ, ike gwụrụ ụmụ Izrel isokwa n’ụzọ ndị ikpe na-achị ha n’uzo Chukwu. Ha kpebikwara na ha chọrọ Eze nke ga-achị n’etiti ha.
Ányị̄ gejide ala unu maka ọganiru alaeze. I nwere ike hapụ nwa gị nwányị̄ ebe a, ányị̄ gelekọta ya ányá.


Onye amụma na onye ikpe, aha ya bụ Samụel, dọkwara ha aka na ntị sị ha na ihe ahụ pụtara na ha achọkwaghị ka Jehovah na-achị ha. Mana ụmụ Izrel chọrọ ịdị ka ndị mba ndị ọzọ nwere eze n’achị ha. Okwukwe ha n’ime Chukwu adaala. Onye Eze ha nke mbu aha ya bu Saul mere ha arụ, ọ nakwara ha ego ha na ihe ọzọ ọbụla masịrị ya. O jikwa ụmụ ha nwoke na nwányị̄ we mere ohu.


Ǹgbè Sọl, Eze Izrel, kawara nka, ajọ mmụọ bara ya n’ime ya ebido newe oke iwe.
Otu ụbọchị o were akụ chọọ itụgbu otu okorọbịa na-akuru ya egwu aha ya bu Devid.
1 Samuel 8
Sọl nọkwa n’eme mmehie n’aga n’iru. O nweghị onye ọ hụrụ n’ányá. Ụjọ n’atụ ya m̀gbè nile. Mmụọ ọjọọ ndịahụ nọ ya n’ime nọ n’atụrụ ya asi na ha genye ya ike na akụ n’ụba. Mana ihe ha nyere ya bụ mkpagbu ya na alịlị obi.


Sọl kwụsịrị ịjụ Chukwu nke dị ndụ ase we je n’ajụ nwányị̄ amoosu.
A na m ahụ ọchịchịrị. Ọ dịghị mma. Ị ga-anwụ n’agha ma onye ọzọ gewere ọnọdụ gị.
Sọl nwụrụ n’agha ma mkpụru obi ya ka a tụbara n’ọkụ mmụọ.


Chukwu họọrọ okorọbịa iji nọchie ányá Sọl dịka Eze. Ọ bụkwa onye na-azụ atụrụ nke hụrụ Chukwu n’ányá ma nedebe iwu ya; ọ bụkwa ya ka Sọl chọburu itugbu mgbeahụ ọ ka dị ndụ.
Onye Nwem bụ onye n’azụ m dịka atụrụ, ọdịghị ihe kọrọm. N’ebe-ịta-nri nke ahịhịa ndụ ka Ọ neme ka m’makpu. Ọ neweghachi mkpụrụ obim.
Devid bụ onye eziomume nke Chukwu hụrụ n’ányá. O nwere ike ịbụ onye mgbaputa nke madụ ahụ site n’aka mmehie na onwụ? Devid o nwere ike ịbụ onye é kwere na nkwa?
I Samuel 18:10-11, 31:4, 16:1-13; Abu Oma 23: 1-3


Devid dere: Onye ihe nagara nke-ọma ka madụ ahụ bu nke nejeghi ije na ndụmọdụ ndị nemebi iwu, Nke neguzoghi kwa n’ụzọ ndị mmehie, Nke nanọghị kwa n’ọnọdụ ndị nakwa emo. kama n’iwu jehova ka ihe-ụtọ-ya di; ọ bụ kwa n’iwu-ya ka ọ natụgharị uche, ehihie na abalị.



Ọ gadị kwa ka osisi akụworo n’akụkụ iyi juputara na mmiri, ọzọ, akwụkwọ-ya adịghị-akpọnwụ; Ihe ọbụla kwa nke ọ neme, ọ neme ka ọ ga nke-ọma.
Ọ bụghị otu a ka ndị nemebi iwu dị; kama ha dịka ibobo-ọka nke ifufe nefesa. N’ihi nke a ndị nemebi iwu agaghị-eguzosị ike n’ikpe, Ndị-mmehie agaghị-eguzosi kwa ike na nzụkọ ndị eziomume. N’ihi na Jehova mara ụzọ ndị eziomume, Ma ụzọ ndị nemebi iwu gala n’iyi.


Ṁgbè Sọl nwụrụ, Devid ghọkwara Eze ala Izrel. O we duo ndị ya n’ife Chukwu ma n’idebe Iwu Ya.
Nyeghachi nwányī a ala ya, hụ na anaghị ya ụtụ ọzọ.
N’okpuru ọchịchị Devid, ụmụ Izrel bara ụba ma biekwa ndụ eziomume.
2 Samuel 2:4; Abuọma 1; Ọlụ ndị-ozi 13;22-23

Chukwu gwara Devid ọtụtụ okwu, o kpughekwara ya ọtụtụ ihe maka oge n’abịa n’iru. Devid dekwara maka mkpughe ndị a n’ime akwụkwọ abụ ọma. Ọtụtụ n’ime okwu ahụ emezuolarị.




Ọ geji eziomume kpe ndị-Gị ikpe, Ọ geji kwa ikpe ziri ezi kpe ndị-Gị ewedara n’ala. Ọ gekpe ndị ewedara n’ala n’etiti ndị-Gị ikpe. Ọ genye ụmụ nke ogbenye nzọpụta, zọpịa kwa onye-mmegbu. Onye eziomume gewepụta akwụkwọ n’ụbọchị nile ya dịka osisi ndụ; ọtụtụ udo gadị kwa rue m̀gbè ọnwụ agaghị-adị. Ya nwekwa ike n’arụ madụ site n’otu oke osimiri rue oke osimiri ọzọ, site kwa n’osimiri rue nsọtu nile nke ụwa.


Devid bụ onye eziomume mana ụfọdụ mgbe, ọ neme mmehie. Nkea gosiri na ọbụghị ya bụ onye nzọpụta ahụ é kwere na nkwa. Ihe ndịa ka o dere gbasara onye nzọpụta ahụ:
É, eze nile gakpọ isi ala nye ya: Mba nile gefe ya ofufe. Ọ gesi n’aka nzọgbu na n’aka ime-ihe-ike gbapụta mkpụrụobi ha: ya dịkwa ndụ! Agekpe kwa ekpere banyere ya m̀gbè nile; ogologo ụbọchị nile ka a ga-agọzi ya. Ka aha-Ya dịrue m̀gbè ebighiebi; n’iru ányánwụ ka aha-ya gamụ omụmụ: madụ gagọzikwa onwe-ha nime ya: mba nile gakpọ ya onye ihe nagara nke-ọma.
Abụ ọma 72


Chukwu gwara Devid: m̀gbè I nwụchalarị, a ga m eme ka alaeze gị guzosie ike n’okpuru nwa gị nwoke. Ọ ga-arụrụm ụlọ ebe ofufe ma agam eguzosi alaeze ya ruo m̀gbè ebighiebi.
M̀gbè Devid nwụrụ, nwa ya Solomọn ghọkwara Eze (narị afọ-itoolu-na-iri-asaa-na-otu tupu Kraịst). Site n’usoro Chukwu nyere Devid, Solomon wuru Chukwu ụlọ ofufe (narị afọ-itoolu-na-iri-isii-na-isii). Nke ahụ ka é ji nọchie ányá ụlọ ikwu ahụ nke ha jiri kpagharịa n’etiti ọzara.


Ụmụ Izrel bakwara ụba nke ukwu. N’ezie Chukwu mezuru nkwa o kwere ị kpọbata ha n’ime ala ha ma goziekwa ha.
2. Samuel 7:12-16; Abu Oma 72:1-20
Mana é nwere otu nkwa Chukwu nemezubeghị-nkwa nke ọbịbịa onye nzọpụta nke gakwa ebibi ọrụ-aka ekwensu. Ụmụ madụ ka nọkwa n’eme nmehie, ọbara anụmanụ ka bụkwa ihe é ji ekpuchi mmehie. Obi dị ha mma na Chukwu nyere ha otu ha gesi nekpuchite nmehie ha ka a neche oge é dere na onye nzọpụta ga-abịa wepụ mmehie ebighiebi.


Ndị madụ biara n’ụlọ ofufe ahụ ige nkuzi si n’ime Akwụkwọ Nsọ. Nke tọkarịchara ha bu nkuzi gbasara onye nzọpụta nke ga-abịanụ.




Devid dere ọtụtụ ihe banyere onye nzọpụta nke n’abịanụ ihe nke si n’ọnụ jehova puta nasị onye-nwem, nọdụ ala n’aka-nrim, rue m̀gbè m’gedo ndị-iro-gị ka ihe-ngbakwasị ụkwụ-gị abụọ. (abụ ọma 110:1) oche-eze-gị, chineke, nadiru m̀gbè nile ebighiebi: nkpa n’aka-eze nke izi-ezi ka nkpa-n’aka-eze nke ala-eze-gị bu. ihuwo eziomume n’ányá, we kpọ nmebi-iwu asị: n’ihi nke a chineke-gị, tere gị manụ obi-ụtọ n’isi karịa ndị-ibe-gị.

( abụ ọma 45:6-7)

# Mkpughe ndị ọzọ banyere onye nzọpụta nke na-abịanụ





Devid dekwara ihe ndị di omimi gbasara Mezaịa na-abịanụ
dịka mmiri ka awusịworom, ọkpụkpụm nile ekesawo onwe-ha: obim aghọwọ ihe dịka wax; o lowo mmiri n'etiti afọm. ikem akpọwo nkụ dịka osisi; irem narapara kwa n'agbam; ọ bụ kwa n'aja ọnwụ ka ị natọgbọm. nzụkọ ndị n'eme ihe ọjọọ agbawom gburugburu, ha nadupu akam abụọ na ụkwụm abụọ. ha nekere onwe ha uwem, n'elu ihe m'neyi n'arụ ka ha nefe kwa nza.

(abụ ọma 22:14-18)




1Ndị Eze 12:20, 28-29: Abụ Ọma 2:7, 12, 22:6, 14-18, 40:8, 45:6-7, 78:2, 89:27,110:1,4,132:11; Matiu 13:34-35



Alaeze ugwu dị ányá site n’Ụlo Nsọ dị na Jeruselem ya mere ha jiri wuru ebe ofufe nke ha we rụọkwa arụsị n’oyiyi ehi ọlaedo.
É nwere ọtụtụ ụzọ ị gakwuru Chukwu. Ụfọdụ madụ n’akpọ ya allah, ụfọdụ n’akpọ ya chemosh, mana ányī ga-akpọ ya baal.
Kedụkwanụ maka Akwụkwọ Nsọ nke Chukwu nyere ndị-n̄chụ́-àjà-ya? O nyere ányī iwu sị enwela Chi ọzọ. Ọ nekwu na é nwere nanị otu Chukwu na otu ụzọ ya.


I chere na Chukwu dị warara?
Achọghi m ịnu ihe a ọzọ. Ofufe baal buzi okpukpe ndị ọchịchị na-achị n'ala a. A gegbu ndị nekweghị ekwe.


Ǹgbè ndị n̄chụ́-àjà họpụtara oke ehi ahụ ka ọ bụrụ ihe oyiyi a gefe ofufe, ha họọrọ kpọmkwem ihe oyiyi Lusifa, n'amaghị ama, cherọb nke nmehie. Ha nọ n'efe ekwensu ma obi dịkwa ya ụtọ n'ihi na ọ nekupu ha site na nkwa Chukwu kwere banyere onye nzọpụta nke na-abianụ.
O baal nara àjà ányị̄ site n'aka dị umeala.
Ngọzị ka ị dị, eze nwányị̄ nke eluigwe. Nne nke Chukwu nụrụ ekpere ányị̄ ma gbaghara ányị̄ nmehie ányị̄.


Kedụ ihe i neme n’ala dị nsọ?
N’aha Jehova, Onye unu siri n’ebe ya pụọ, nụrụ okwu Chukwu. A ga-amụ nwa nwoke site na mkpụrụ Devid. Site n’agbụrụ ya ka onye mgbaputa gesi bịa, aha ya bụkwa Josaịa. Ọ gesure kwa ndị-ǹchụ́-àjà-baal n’elu ebe-ichu-àjà a.
1 Ndị Eze 12:28, 13:1-2; Jeremaia 44:17-25, Ezikiel 1:10, 10:14, 28:14


Kedụ ka i gesi kwuo ụdị ihe a? O nweghi onye nekwu ọdịnihu ma ọbụghị chi.
N’okwu Jehova, a sịm unu, na ọkpụkpụ nke ndị-ǹchụ́-àjà ndịa ka Josaịa gesure n’elu ebe-ichụ-àjà a.


Chukwu genye gị ihe iriba-ama na m nekwu maka ya. N’ụbọchị a ọmaricha ebe-ichụ-àjà i wuru iji fe arụsị ogbi, gagbawa abụọ ma ntụ nile nọ na ya gawụsị kwa.


Ị na-anụ kwa mkpọtụ ịnyịnya ọkachamara nke a na-eme? O chere na ya ziri ezi ma ndị ọzọ ezighi ezi!
Jide ya! Gbuo ya. Kedu ka ọ gesi kwuo okwu megịde okpukperechi onye ọzọ!


Aka m akpọnwụọla, Jehova atawo m ahụhụ. Kpee ekpere ka ọ gwọọ m.


Jehova, bụ Chineke gosi anyị amara gị tata, gwọọ aka onye eze a.




1 Ndi Eze 13:2-6


KUWASIA!
BOOOM!
EIIII!
Mbaaaaa!
Jehovah igbughi oge?


N’ezie i bụ onye nke Chineke, n’ihi na ọ dịghị onye amụma ebea nke meworo ihe dị otu a. Sorom, anyị gewere ihe-oriri na ihe-ọñụñụ wetara onwe anyị ume. M’genye kwa gị akụ na nsọpụrụ n’ihi oke efufe i n’efe Chukwu ta.
Mba, enwegịi m ike iso gị gaa, Chineke gwara m ka m gharakwa iri ihe ma-ọbụ ịñụ mmiri ka m nọ n’Izrel. Ọ sịkwa m si ụzọ ọzọ n’abụghị ụzọ m si bịa.




1 Ndi Eze 13:5, 7-9


Dịka Chukwu nyere ya n’iwu onye amụma ahụ laghachiri site n’ụzọ ọzọ n’abụghị ụzụ o siri bịa. Ụbọchị abụọ agala ma oribeghi nri ma-ọbụ ñụọ mmiri. Agụụ nri na mmiri nọkwa na-agụ ya. Ụmụ ndị ikom abụọ ndị nọ n’efe ehi ọlaedo n’ụbọchị ahụ we soro ya ka ha mara ụzọ o si ala.




Nna ányị̄, agaghị m ekwete ọ bụrụ na m ahụghi ya.Ọ dị nnọọ ka ndị amụma ochie nke Izrel!
Ngwa! Jikwaa ịnyịnya ibu m. Ka m je chọọ ya.
Nna anyị, i chere na ihe o kwuru bụ eziokwu? Ọ bụ sọ Jehova bụ Chukwu dị ndụ? Arụsị ányị̄ ndị a ha bụ sọ osisi na ọlaedo?



Ọ chọtakwara onye amụma nke Jehova ebe ọ nọ nezu ike, n’okpuru osisi. Ọ chọrọ ka nwoke ike a bụrụ enyi ya. N’oge gara aga ọ bụkwa onye amụma Jehova, mana m̀gbè obodo kewasịrị, o we soro ife arụsị nke ndị obodo ya. Ihe o chere bu, “ekpukperechi nile ọ bụghị otu?”


Ọ ga-abụ gị bụ nwoke nke Chukwu si n’ala Juda we bịa? Ọ dịka ike gwụrụ gị. Bia n’ụlọ m ka m nye gị ihe oriri na ihe ọn̄ụn̄ụ.
Enweghị m ike ya, Chukwu gwara m erila ihe ọbụla n’ebea.
Mana le, a bụkwa m onye amụma dịka gị, ma n’ụtụtụ a, onye mmozi nke Jehova gwara m sị kpọta gị na be m ka i nwete ihe oriri na ihe ọn̄ụn̄ụ.
Chukwu Imela, akpịrị n’akpọ m nkụ.


Nri nke a tọrọ ezigbo ụtọ mana ka m bịa laghachi obodo Juda, ebe m si.
Jehovah ekwuwo okwu: “Maka na i geghi olu m i debe iwu m nyere gị, i we rie ma ñuo n’ebe a, ozu gị agaghị alaghachi Juda ka e lie ya n’ebe olili ndị ezinụlọ gị.
Nna ányị̄, ọ dịka i nebu amụma. Chukwu ọ gwakwara gị okwu?
É, nwa m, oge mbụ n’ime ọtụtụ afọ.



1 Ndị Eze 13:10-22

Onye amụma ahụ ji obi ụjọ pụọ maka na ọ mara na Chukwu gemezu okwu ya. Ọ ma na ọ ga-anwu mana ọ tụghị ánýá na ọ ga-abịa ngwa ngwa ma ọ bụ n'ụzọ dị otu a.




Onye ahụ bụ onye amụma nke si Juda we bịa.
Ọ bụkwa ihe ọhụrụ na ọdụm na ịnyịnya ibu nọdụkọrọ ọnụ ka ha neche ozu ya nche.
Ahụtụbeghi m ihe dị otu a. Ọ bụ ọdụm ahụ gburu ya mana o righi ya.


Onye amụma nke ụgha ahụ buru ozu nwoke ahụ Chukwu zipuru, wee lie ya n'ili ya n'etiti ndị amụma baal nke dị nsọ n'ebe Chukwu mebiri ebe ñchụ́-àjà ahụ.
Chukwu gburu ya n'ihi nnupu isi ya. N'ezie ihe nile o kwuru ga-abịakwa na mmezu.
É liri nwoke ahụ nke Chukwu zitere ma n'oge na-adịghị ányá, ndị nile chefuru ewezuga madụ ole na ole. É dozikwara ebe ñchụ́-àjà ahụ mana afọ-narị-atọ gasịrị ma ndị madụ ka nefe baal n'ebe ñchụ́-àjà ahụ. Ọ dịghị kwa onye surere ọkpụkpụ ha n'elu ebe ahụ dịka onye nke Chukwu zitere bụrụ n'amụma.
1 Ndị Eze 13:23-31,
2 Ndi Eze 21:24, 22:8-11, 23:1-3

Afọ narị atọ ka é mesịrị, otu eze aha ya bụ Josaịa nọkwasịrị n’oche-eze na Juda (narị-afọ-isii-na- iri-anọ tupu Kraịst). Ọ gbagoro n’Ụlo Nsọ we chọta otu Akwụkwọ Nsọ. Ọ kpasuru ya iwe, m̀gbè ọ chọpụtara na mba ahụ nile echezowo Chukwu dị ndu ma neso arụsị. Ya mere o we nye ndị okenye nile, ndị n̄chụ́-àjà, na ndị nile bi na Jeruselem iwu ka ha bịakọta onwe-ha ịnụ akwụkwọ a.




Nne di nsọ zọpụta ányị̄!
Ndị madụ rubere isi n’iwu Chukwu ma bibie arụsị nile dị na ala ha. Ha gburu ndị n̄chụ́-àjà nile na-esurere anwu, onwa, mbara ala na eze nwányị̄ eluigwe ihe nsureoku.


Iwu nke Chukwu, nke Mozis nyere, kpọrọ mmekọ nwoke na nwoke asị, ya mere ndị nile neme nke ahụ ka a chụpụrụ n’ala ahụ.
Ndị ọjọọ nenweghị ndịdi!


Ha chụpụ kwara site n’ala ha ndị nile ha na mmụọ ọjọọ na-akpa nkata, ndị nile na-agba ndị mmụọ ase, ndị na-ajụ ase na ndị amoosu.
Kụwasịa bọọlụ krịstal ya ma kpọ ụlọ ya ọkụ
2 Ndị Eze 23:5,7,10,24


Ha kụwasịrị ebe ñchụ-àjà ahụ, mebie arụsị ya nile, gbutuo osisi ya nile ma gwerie ha ka ntụ.
Josaịa we gbago n’ebe dị elu ahụ ebe onye amụma ahụ na Jeroboam, eze nke mbụ ndị Alaeze Ugwu, kpọrọ ihu afọ narị atọ gara aga.
**Nanị otu Chukwu ka é nwere, a naghị efe ya site na arụsị. Ndị-ñchụ́-àjà ụgha é meela ka ndị madụ nọrọ na ebe di ányá site n’ebe Jehova nọ.**



Ị ga-anwụrịrị.
Ọzọ, ebe-ichu-àjà gbawara, ma ntụ ya kwafusie




2 Ndị Eze 23: 15-16


Kpọ ọkpụkpụ nile ahụ ọkụ.
Otu a ka amụma gbara afọ narị atọ siri bịa na mmezu dịka onye amụma buru n’amụma ya.
Ngwanụ hapụ ọkpụkpụ ya kpọọ ndị ọzọ ọkụ. Ofufe arụsị ga-alariri ma ọ bụrụ na ányī chọ ka Chukwu gozie ányī.
Eze m, nke a bụ ili onye nke Chukwu nke si na Juda bịa, ihe fọrọ nke nta ka ọ bụrụ narị afọ atọ gara aga. O buru amụma gbasara ụbọchị taa. O kwuru sị na nwoke aha ya bụ Josaịa, nke bụ gị, ga-abịa me ihe dum a nke I mere tata.


Ugbua é kpochapụrụ ife arụsị, Josaịa Onye eze wee nye madụ nile iwu ka ha mee emume ngabiga, i ji cheta Jehova nke kpọpụtara ndị nna nna ha site n’Ijipt we nye ha ala nke ha.
Ngọzị dịrị gị, Onyenweányī na Chukwu ányī, Eze nke ụwa nile nke n’esite n’ala wepụta achịcha.


2 Ndi Eze 23:17-18, 21-22
Nna anyị, kedụ ka ụbọchị ta siri dị iche n’ụbọchị ndị ọzọ?
Nna ha we kọrọ ha akụ̀kọ́ gbasara otu Chukwu siri zọpụta ha site na mmegbu ndị Ijipt ma nye kwa ha iwu na ụlo ikwu. Ọ gwara ha otu ọbara nke é tere n’awara ụzọ si zọpụta ụmụ nwoke é bụ ụzọ mụọ n’aka mmozi ahụ nke na-ebibi ha. Emume ngabiga ahụ bụ nke kachasịnụ.



ISI 6

# Elaija


Ọ dị otu nwoke na-adịghị ike aha ya bụ Ahab, nwoke ahụ bara n’ochịchị n’Izrel, n’ebe ugwu nke Alaeze ahụ (narị-afọ-itoolu-na-iri-na-asatọ tupu Kraịst). Nwoke ahụ bi na Sameria n’akụkụ ndị obodo Zidọn. Ndị Zidọn bu ndị nefe Bel. Ahab lụrụ Jezibel, nwa nwányị̄ otu n’ime ndị-n̄chụ́-àjà  Bel.



Ihe é ji mara Jezibel bụ
įñų ọkụ n’obi ya n’ihe nile
gbasara okpukperechi
ya, o ledara Chi nke Izrel
ányá ma kwalite ofufe
Bel n’ala ahụ dum.


Chọta ndị amụma Jehova nile ma gbuo ha. Bel ga-abụ chi ányị̄.
Eze ahụ nwere onye n’ejere ya ozi nke n’efe Jehova.
A ga m eje chọta ndị amụma Jehova ma dọọ ha aka na ntị.


Ọbadaịa zobere ndị amụma
otu narị n’ime ọgba ma
n’enye ha nri na mmiri.
1 Ndị Eze 16:28,31,18:4


Mana é nwere otu onye amụma nke Chukwu dị ndụ nke na ekweghi anọ na nzuzo: Elaịja.


Gee ntị Ahab Onyeeze, maka na ị hapụwo Chi nke nna gị wee soro nwunye gị bụ Jezibel wee mee ajọ omume, Jehova kwuru na mmiri agaghị ezo ma-ọbụ mee n’ala Izrel ọzọ ruo m̀gbè m genye ya iwu.
Ha, ha! I che na ị bụ onye amụma? É nwere m ndị amụma karịrị otu puku ma o nweghị otu n’ime ha kwuru maka ọkọchị. Anyị enweela nnukwu mmiri ozizo n’afọ ndị gara aga. Onye ụgha si n’ụzọ m pụọ.


Ǹgbè ụnwụ ahụ nọ n’adi njọ, agụụ bidoro gbuwe ndị madụ, ndị amụma ụgha ahụ kpọkuru Bel mana Bel azaghi ha. Ọkọchi ahụ wee n’aga n’iru ma ọdịgị takpọm mmiri ma-ọbụ ujijiri nọ n’ala. Chukwu wee zipu Elaịja, o wee jee na be otu nwányị̄ isi mkpe wee gwa ya sị na ọ bụ ya genye ya ebe obibi na erimeri ruo ǹgbè ọkọchị ahụ ga-ala.
Ị genyetụ m mmiri ọnụnụ na obere achịcha ka m rie?
Eziokwu ka m na-agwa gị, é nwere m ntụ ọka na mmanụ fọdụrụ nke m geji sie obere achịcha abụọ. M na-achọ isi ya ka mụ na nwa m nwoke wee rie. Ányị̄ richa ya, ányị̄ edinara ala wee nwụọ. O nweghi olileányá dịnụ. Chukwu na-ata ányị̄ ahụhụ maka mmehie ányị̄.


Atụlegwu, Chukwu ga-elekọta gị ányá.
Sie achịcha ahụ nke i kwuru, ma wetara m nke izizi. Emesịa, gị na nwa gị erie, Jehova, Chukwu nke Izrel sị n’ihi nke a, “Ùdù ntụ ọka gị na ite mmanụ gị agaghị akọ ruo m̀gbè Chukwu gezite mmiri n’Izrel.”




1 Ndi Eze 17:1, 10-16


*Ányị enweghi ike ịwụpụ ha nile! Ọ na-apụtakwu!*
Ọ bụ ọrụebube! Chukwu dị mma.
N’ime afọ abụọ sochirinụ, ha atọ riri achịcha sitere n’otu udu ahụ.


Otu ụbọchị, Elaijja batara n’ebe obibi ya n’ụlọ nwányī isi mkpe ahụ we chọpụta na nwa ya anwụọla.
Ahụ ọkụ bidoro ya o we nwụọ.


Kedụ ihe m mere megide gị? Ị biara ebe a i chetere m mmehie m ka Chukwu we taa m ahụhụ?
A ka nwere Chukwu nke Izrel.


O Jehova, ka mpụrụobi nwata a laghachi n’arụ ya.


Chukwu nụrụ ekpere
Elaịja ma zighachi mkpụrụ
obi nwata nwoke ahụ
ka ọ baa n’ime ozu ya.




1 Ndi Eze 17:17-24



Oge ụnwụ ahụ gara n’ihu ma mezuokwa afọ atọ. Agụrụ n’agụ ụmụ madụ mana ha ka nọ n’efe arụsị.
Ọ bụ gịnị mere Bel adịghị anụ olu ányị ma mee ka mmiri zoo.
O nwere ike Bel bụ arụsị n’adịghị ekwu okwu. O nweghi ntị ọbụla.

Jezibel na Ahab boro Elaịja ụta maka ụnwụ ahụ. Ha we ziga ndị-agha n’ala ahụ nile ma kwa n’ala nile nke dị ha gburugburu, ka ha chọta Elaịja. Iwu é nyere ha bụ ka ha gbuo ya ma ha hụ ya.




Ahab ị na-achọ m?
Ọ bụ gị ji ụnwụ a nenye Izrel nsogbu?
Ọ bụ kwa gị ji arụsị gị nenye Izrel nsogbu. Ka ányị̄ nwe ịgba mgba n’etiti Jehova na Bel. Kpọta ndị amụma gị narị-asatọ-na-iri-ise dum, zite m n’ugwu Kamel.
Ị sị ka ányị̄ gbaa mgba? Ọ dị mma. Hụ na ị bịara ebe ahụ.


Ọtụtụ ụbọchị ka é mesịrị n’elu ugwu Kamel.
Ogologo oge ole ka unu geguzo n’etiti echiche abụọ? É nwere nanị otu Chi. Ọ bụrụ na Jehova bụ Chukwu, fee ya nanụị ma ọ bụrụ na Bel bụ Chi fee ya. Kpebie ya n’obi unu.
M’nama unu ndị-amụma Bel ka unu pụta, unu ga-ama kwa onye bụ ezi Chi.
E, asọmpi n’etiti chi abụọ. Kedụ ihe ányị̄ geme?
1 Ndị Eze 18:1, 17-21


Unu ga-akpọku Bel n’ekpere, mụ onwem ga-akpọku kwa Jehova. Chineke nke ga-aza site n’itinye ọkụ n’aja ga-abu ezi Chi ma ányị̄ nile gefe nanị ya. Ebe unu karịrị m n’ọnụ-ọgụgụ, unu buru ụzọ.
Unu wuonụ ebe-ị̄chụ́-àjà nyere Bel, mụ onwem gewu kwara Jehova otu. Anyi getinye osisi n’elu ebe-ị̄chụ́-àjà anyi, tụkwasị àjà n’elu osisi, ma anyị agaghị etinye ọkụ n’okpuru ya.


O Bel nụrụ olu ányị n’ụbọchị ta. Ányị na-achuru gị aja a maka aha ukwu gị.



O Bel dị ukwu nke ike ya kachasị.
O Eze nwányị̄ nke eluigwe bịa nyere Bel aka n’ụbọchị a.


Ọ bụrụ na Bel bụ chi, ọdịghị ege unu ntị. O nwere ike ọ na-akpa nkata mere ọ naghị anụ olu unu. O nwe kwara ike ọ gara njem ma-ọbụ na ọ na-arahụ ụra.
Nwokea ruru unyi, I nweghi ike ime karịa ányị̄
1 Ndi Eze 18:22-27


Ọ bụ ya! Ọ na-arahụ ụra ya mere unu tie nu ezigbo mkpu ka o we tete n’ụra.
Ka ányị̄ ghara ịda mba. Eleghi ányá é nwere ike ányị̄ gbuo onwe anyi mma, obi adị Bel mma.


Ndị amụma Bel wee malite ịtụda onwe ha n’ala, we merụsịa onwe ha ahụ ma n’eti mkpu n’olu ike ka Bel nụ olu ha.
EIIII!
AAAAaaahh!
Yaaiiieeee!
É ji m ọbara m nenye gị onyinye O Bel. Nụrụ olu anyị! Zite ọkụ! Kwuputa onwe gị!



Ha, ha! Negodu unu! Awa itoolu agaala keṁgbè unu si na-akpọku chi n’adịghị aza. Ọ bụrụ na ọ bụ chi n’ezie, ọ gejikwa ohere a mee ka ọ dị ihe.
Ugbu a, oge nke m eruola. Bịanụ nso lezienu ányá n’ihe m neme.
O Bel, ọ bụ gịnị mere ị dịghị aza?
1 Ndi Eze 18:28-30


Gịnị mere o ji egwu ụdị olulu a?
Ọ neme ka chi jie?
Kedụ mgbè Ị ga-amalite ekpere gị? Nke a abụghị asọmpi igwu ala?
Jeenu bute udu mmiri anọ wụọ n’elu àjà ahụ.
Mmiri kwa? Ọ gaghị atụ ọkụ ma a wụọ ya mmiri.


Mmiri atụbeghi ya. Tinyere ya udu mmiri anọ ọzọ.
Isi adịghị onye amụma a mma. Ọ gaghị adị ndụ rue anyasị ta.
Isi o mebiela nwoke a? Kedụ ihe mere Eze jiri gbachi ya nkịtị?
1 Ndi Eze 18:32-34


Ha, ha! O nwere ihe n’anyị Chukwu dị ndụ? Wụọ ya udu mmiri anọ ọzọ marakwa na é nwere Chukwu n’ala Izrel ma aha ya abụghị Bel.
Ahab gekwere maka nkea, gbupu ya isi.


Laanụ azụ.
Ga mie nụ.
Lakwuonu azụ.


Jehova Chineke nke Abraham, Aizik na Izrel. Mee ka a mara n’ụbọchị taa na sọ gị bụ Ezi Chi, makwa na mụ bụ onye ozi gị, ma mekwa ka ha mara na Ị tụghariwo obi ha n’ebe Ị nọ.




1 Ndị Eze 18: 35-38


Chineke nke Abraham!
Ọ dịkwa ezigbo ọkụ!
Ọkụ si n'eluigwe!
NYERE M AKA!


Chukwu nke Abraham na Aizik é jiriwo ọkụ we za.
O rechapụrụ nkume na unyi.
Kedụ ụdị Chukwu dị ihe a, n’enweghi onyinyo ma neme ụdị ihe a?




Deuteronomi 17: 2-5; 1 Ndị Eze 18: 38-40


Gbuo ha! Ha nile dị nari-asatọ-na-iri-ise.
Mana ányị̄ amaghị.
Were mma gbuo ha ugbua!
Ewee gbuo ndị amụma Bel nile.


Eze anyị, ị ga-achọ iri ihe na ịn̄ụ ihe ọn̄ụn̄u wee mee ngwa ngwa laa n’ụlọ gị maka na m na-anụ ụda oke mmiri ozuzo.


Afọ atọ na ọkara tupu m̀gbè ahụ, Elaija gwara ya na mmiri agaghị ezo ọzọ n’Izrel ruo m̀gbè ya bụ Elaija genye iwu ahụ. Ugbua ndị amụma Bel nwụsịrị makwa ụmụ Izrel malitere ife ezi Chi ọzọ, Elaịja nyere iwu ka mmiri zoo.
Nnukwu mmiri ozuzo gejupụta osimiri ma gbochie ha ịlaghachi n’ụlọ. Nkea mere ha geji me ngwa ngwa ma ọ bụrụ na ha achọghị ka ide mmiri ahụ nochiere ha ụzọ.
Elaịja, dịka Chukwu siri nye ya ike, gbara ọsọ n’ihu ịnyịnya-agha eze, njem maịl iri abụọ laghachi n’obi eze.




1 Ndi Eze 18:40-41, 44-46,19:1


É gburu m ha nile. Ha bụ ndị ụgha na ndị aghụghọ.


N’imere gịni? Nwoke iberibe a! Ọ bụ Elaija ka ị gaara egbu.


Mana Chineke ya ji ọkụ we rie aja. Ọ bụkwa ọrụebube. Ndị-ṅchụ́-àjà ányị̄ enweghị ike ọbụla. Madụ nile tụghrịrị fewe Jehova.


Mana nwunye m, kedụ ihe ọzọ m gaara eme. Egwu ụmụ Izrel bịara m.
I gburu ndị-ñchụ́-àjà m.
Nwoke iberibe!


Ọdịghị ọrụebube ga-azọpụta Elaịja site n’iwe ọkụ Bel. Ọbụrụ
na m egbughi Elaija n’ihi nkea ka chi nile mee m otu ihe ahụ na ihe ọzọ.
A ga m agbafu.




1 Ndị Eze 19:1-4


Chineke m, é mewo m ihe nile m nwere ike ime. Ka m nwụọ ugbua tupu Jezeebel ahụta m.
Ihere onwe m neme m, n'ihi atụkwasaghị m gị obi.Ọ dịghị ihe m jiri ka ndị nna m ndị mmehie. Sọsọ hapụ m ka m nwụọ.


Elaija gbara ọsọ ruo ụbọchị iri anọ n’ime ọzara iji zoo n’ọgba. Ọ bịarutere n’ugwu Saịnaị, n’otu ugwu ahụ Mozis natara iwu iri. N’ebe ahụ ka Chineke gwara ya okwu.


Elaija, kedụ ihe I na-eme ebe a?
Madụ nile ahapuwo iwu gị ewezuga m. É gbuola ndị amụma gị nile. Ọ bụ sọsọ m fọrọ nke n’efe gị ma ha chọkwara igbu m.
Jee kwụrụ n’elu ugwu n’iru Chukwu.


1 Ndi Eze 19:4, 8-12
Ka Elaija guzoro n’iru Jehova, ifufe siri ike bịakwara ma Chineke anọghị n’ifufe ahụ.
Ọzọ, ala ọma jijiji wee mee ma Jehova anọghị n’ime ala ọma jijiji ahụ.
N’ikpeazụ, ọkụ si n’eluigwe we daa ma Chineke anọghị n’ọkụ ahụ.
Chukwu na-agbali igosi Elaija na ọ dị egwu karịa Jezibel




Emesịa, m̀gbè ifufe ahụ na ala ọma jijiji na ọkụ kwụsịrị, Elaija nụrụ ka Chineke nekwu okwu n’olu dị nta. Ọ jụrụ Elaija otu ajụjụ ahụ ọ jụrụ na mbụ.
Elaija, kedụ ihe i neme ebe a?
Elaija amụtabeghi ihe ọbụla. Ọ ka nọ nemere onwe ya ebere, ya mere o ji zaa ya ihe ọ zara ya na mbụ.
Madụ nile ahapuwo iwu gị ewezuga m. É gbuola ndị amụma gị nile. Ọ bụ sọ m fọrọ nke n’eso gị ma ha chọkwara igbu m.


Ọ dị mma, ọ bụrụ na ọ bụ otu a ka I siri chọ. Je tee Elaịsha mmanụ ka o were ọnọdụ gị dịka onye amụma m.
N’agbanyeghị na I maghi maka nkea, ha dị madụ puku asaa n’Izrel bu ndị n’ehulataghị n’iru onyinyo Bel ma-ọbụ isusu kwa ụkwụ ya ọnọ. Kama jebe ebe Ị na-aga, mana ezinụlọ Ahab nile ga-anwụ.


Elaịja chọtara Elaịsha ka o ji ehi ya na-akọ ihe. O wee tee ya mmanụ ịbụ onye amụma.
Chukwu kwuru sị na I ga-abụ onye amụma ya.
A ga m eji ehi m wee chụọrọ Chukwu aja ma sorokwa gị ngwa ngwa.
1 Ndi Eze 19: 12-21


É nwere ubi vine, nke nọ n'akụkụ obi-eze Ahab, bụ nke Nabọt. Ọtụtụ m̀gbè, Ahab nelepu ányá na windo ya ọ nenwe mmasị n'ebe ubi ahụ nọ maka na ọ mara mma. Ahab chọkwara ka ubi ahụ ghọ nke ya. Dịka ọ neche maka ya ka ọ na-achọsi ike ka ihe agbata obi ya buru nke ya. Iwu Chukwu kwuru sị onye enwela ányá ukwu mana Ahab anaghị ele Jehova ányá.


Ahab nwere nnukwu ego. O wee kpebie na ọ ga-azu ubi ahụ.
Resi m ubi a maka na ọ nọ n’akụkụ be m. Mana a ga m enyekwa gị ubi nke ka ya mma n’ebe ọzọ.
Chukwu ekweghi n’ụdị ihe ahụ.


Ihe onwunwe a adiwo n’ezinulo m ihe karịrị narị afọ ise. Jehova nyekwara iwu sị ka ányị̄ ghara iresi ndị na-abụghị ndị ezinụlọ ányị̄ ala ányị̄.


Gwam di m ọma, ọ bụ gịnị mere i ji erighi nri? Gịnị mere obi adịghị gị mma?
Maka na Nabọt ekweghị eresi m ubi ya.


Ọpụpụ 20:17;
1 Ndị Eze 21:1-7
Ị bụ Eze. Ị nwere ike ime ihe ọbụla masịrị gị. É kwekwala ka nwa ogbenye nọchiere gị ụzọ ọbi ụtọ gị. A ga m ewetere gị ubi ahụ.


A ga m etinyere unu ihe ma unu rụchaa ọrụ. Ugbua mechienu ọnụ, ma ọbụghị ya unu genwete otu ihe ahụ.


Iwu Mozis kwuru sị madụ ebola agbata obi ya ebubo ụgha.
CLINK


Lee ya ebe ahụ. Ọ bụ ya.
Ee, ọ sị na Eze ga-anwụ.
O kwuru sị na Chukwu n’ezitere onyeeze mmụọ ọjọọ ị napụ ya uche.
Ebe ọ bụ otu ahụ, O kwesịrị ọnwụ.
Ha buru Nabọt je gbuo.


Di m ọma, bịa were ubi gị. Ị gaghị aga n’ihu n’ụwa a, ọ gwụla ma ị nenwe obi dị ike. Ndị siri ike na-adị ndụ.
Ị na ahụkwa ka o si maa mma? O kwesịrị ịbụ nke m, ọ bụghị ya?
Ọpụpụ 20:16;
1 Ndị Eze 21:10-16
Jezebel maara na chi ya Bel enweghi ányá eji ahụ ụzọ. Mana é nwere Chukwu bi n’eluigwe nke na-ahụ ihe nile ma na adịghị echezọ ihe.


Elaịja, Ahab abaala n’ubi Nabot i were ya. Je zute ya ka ị gwa ya okwu m.


Ahab, Chukwu sị mụ gwa gị na i gbuola nwoke aka ya dị ọcha ma were kwa ihe ya. Maka nke a na mmehie gị ndị ọzọ, n’ime ubi a nkita rachara obara Nabọt ka ha ga-arachakwa ọbara gị.
Onye iro m ọ chọtawo m?


I nweghi ike izonarị Chukwu. n’ihi na irewo mkpụrụ obi gị maka ihe onwunwe, Chukwu geweta ihe ọjọọ n’ahụ ezinụlọ gị nile. Ụmụ gị nile na umunne gị ga-anwụ, ma ndị ntakịrị.
Ị kpasuwo Chukwu iwe. Ụmụ nkịta geri Jezibel n’akụkụ mgbidi ụlọ gị. Ṁgbè onye si n’ezinụlọ gị ga-anwụ n’obodo, nkita geri anụ ya. Ọ bụrụ na ha nwụọ n’ọhịa, ube geri ha. Agaghị eli ha ọfụma.




1 Ndị Eze 21: 17-26


Ihe nile Elaịja kwupụrụ na-abịa na mmezu.
Ahab wee chụwara Jehova àjà. Mana o jighi obi ọcha n’eso Jehova.


Ṁgbè émesịrị, ndị amụma-ụgha dụrụ Eze Ahab ọdụmọdụ banyere okwu agha.
Rigoro Ramọt Giled je lụọ agha. Chukwu genye gị nnukwu mmeri.
Ndị amụma nile ha kwere na nke a?


Eze Ahab, Jehova agwawo m okwu. Ị ga-agbagoro Ramọt-Gịled mana ebe ahụ ka a gegbu gi n’agha.
É gela Maịkaịa ntị. Ọ bụghị ya bụ sọ onye amụma Jehova. Ányī bụ ndị amụma narị anọ na-asị gị na a genwe oke akụ na ihe ịga nke ọma na Ramọt-Gịled.
Akpọrọ m Maịkaịa asị. Okwu ya nile na-ajọ njọ.


Eze Ahab, I mewo ihe ọjọọ n’ányá Chukwu. I nege okwu ndị amụma ụgha ndị na-ana ego maka ọrụ ha ma na-asịkwa asị.


Á hụrụ m Chukwu ka ọ nọ-ọdụ n’ocheeze ya ma ndị mmozi nile nke eluigwe guzosiri n’ihu ya. Ọ jụrụ ha sị, “Kem̀gbè Elaija gwara Ahab na ọ ga-anwụ, ọ na-akpachapụ ányá ka ọ ghara ịmerụ ahụ. Ahab geje rịrị agha. Onye geme ka Ahab jee agha Ramọt-Giled ebe a gegbu ya.
Otu onye we kwuo okwu, onye ọzọ kwuo ọzọ. M̀gbè ha kwuchara, otu onye mmozi pụtara n’ihu we sị:


É nwere m echiche ga-arụ ọrụ . Aga m agbada je ghọọ mmụọ ụgha n'ọnụ ndị amụma ụgha ya. Aga m agwa ha ka Ahab jee agha.
Nke a bụ echiche dị mma. Ha gebu amụma na ọ genwe mmeri, mana o ruo ebe ahụ, a ga m etigbu ya. Jebe ugbu a!
1 Ndi Eze 21:27, 22:6-22


I chere na mmụọ nke Chineke hapụrụ m je gwa gị okwu?
TAWA!!


Ị ga-amata onye nwere mmụọ Jehova n’ụbọchị ahụ m̀gbè ị ga-aba n’ime mkpuru je zoo maka egwu ndụ gị.
Kedụ nke bu nke a, amụma ọzọ? Ha!



Tinye onye a n’ụlọ nga ma enyela ya nri karịa nke gedebe ya ndụ ruo oge m ga-alọta n’agha. Ṁgbè ahụ, ányị̄ egbuo ya.
Ị dị ndụ si n’agha lọta, ọ ga-apụta na mụ bụ onye amụma ụgha nke kwesịrị ọnwụ.


Ihe ahụ bụ ezigbo echiche, ịgbanwe onwe gị dịka onye agha nkịtị. Ha agaghị ama n’ịbụ Eze. Ndị  ikom ányị̄ n’alụ kwa agha nke ọma. É nweghi m ike ichere Ịhụ iru onye amụma ahụ m̀gbè ị ga-adị ndụ lọghachi.
E, ma uwe agha nkea m jiri yichie arụ gechebe m pụọ n’akụ ọ bụla.
1 Ndi Eze 22:24-30


Onye agha wee gbapụ akụ n’elu ikuku,
n’ebughị n’uche onye ọbụla kpomkwem,
nanị n’atụ ányá ịkụ otu n’ime ndị iro ya.












Piom!
Uggghh!
Gịnị?




1 Ndi Eze 22:34


Egwu na-atụ m na ọ nwụọ la.
Akụ ahụ chọtara nnọọ ebe uwe agha ahụ nekpuchighi ekpuchi. Ọ di m ka oge ọnwụ ya ruru.
O chi m mbanụ!


Tụba ozu ya n’ime ubi Nabọt, emesịa ányị̄ genwe ohere ịkwa ya nkeọma.


Dịka Elaịja kwuru, nkịta nọ na-aracha ọbara Ahab n’okpuru windo Jezibel. Ọ bụ ya bụ onye mbụ nwụrụ n’ezinụlọ ya; ndị ọzọ gesokwa.




1 Ndị Eze 22:37-38;
2 Ndi Eze 9:8-10


Onye iberibe! Ị bụghị onye amụma Jehova. Ị bụ onye asị! Ahab anwụọla dịka Maịkaịa onye amụma nke Jehova siri kwuo.
O nweghị ike ya. Ndị ikom nsọ nile kwere na Ahab genwe mmeri.
Ọ bụghị ha dum. Ọ bụghị ma Maikaịa nke ị kụrụ aka ntị mecha tụba ya n’ụlọ nga. Mgbè ndị madụ ga-anụ ihe nke a, ha gebe gị isi.


Ọ dịghịzi ihe n’egbochu gị ịla. Ahab anwụọla.
É amaram, n’enweghị obi abụọ ama kwara m na nkịta arachawo ọbara ya dịka Jehova kwuru. Jezịiel gesote ya na ihe nile metutara Ahab. Chukwu ekwuwo okwu.


Ka m je
zoo.


Hewu! Maịkaịa kwuru ekwu sị na m ga-amata onye nwere mmụọ Jehova n’ụbọchị m gezo n’ime ime m̄kpúrù.


Ụmụ Ahab nọchiri ányá ya n’ọchịchị. Mgbe afọ iri-na-abụọ gafere, Jezibel ka bụkwa Eze Nwányị. Umu Izrel ka nọkwa n’efe chi na-abụghị Chi ma nemebisi iwu Jehova.
Chukwu kwuru okwu megide ụlọ Ahab we sị, “Oge eruwo. Ezinụlọ Ahab nile ga-anwụ, ma ụmụ ntakịrị. Ọ dịghị nke a ga-ahapụ ndụ. Nkịta geri ozu Jezibel ma o nweghị onye ga-adị ndụ ikwa ya ma-ọbụ ili ya.”

Ṁgbè afọ iri na abụọ gasịrị.




2 Ndị Eze 9:30


Ka m kwụrụ ebe a, ka ha mara na m bụ onye isi.


Onye nọnyere m?



Ányị nọnyere gị Onye Ọchịagha.
Ọ bụrụ otu ahụ, si n’elu kwatuo Jezibel.
Unu agaghị anwali ya. A bụ m Eze Nwányị.




2 Ndị Eze 9:32-33


Hapụ ozu ya ka o dinala.


Nkịta riri Jezibel ma rachapụ ọbara ya ebe ahụ kpọm kwem ha rachara ọbara di ya, dịka onye amụma Jehova siri kwuo.
GRRRR!


1 Ndị Eze 9:33-37
Mana ha ekweghị eri aka ya ndị ahụ o jiri mee ihe ọjọọ.
Dịka é jiri buo n’amụma, ụmụ Ahab nile nwụrụ site n’aka ndị obodo ahụ ruo m̀gbè n’enweghi onye foro n’ezinulo ya.
Ndị nwụrụ n’ohia ka ube riri ma na ndị nwụrụ n’obodo ka nkịta riri. Ọdịghị ihe fọdụrụ itinye n’ili. N’ezie, ụgwọ-ọrụ nke mmehie bụ ọnwụ.


Ka Elaija nọ nekpe ekpere, ụmụ okorobia ndị amụma bịakwutere Elaịsha izi ozi.
Chukwu enyewo ọtụtụ ụmụ okorọbịa ndị amụma ozi. Ị ma na taa ka a ga-akpọrọ onyenwegị Elaịja je eluigwe.
É, Chukwu gwakwara m, mana mechie ọnụ. É kwula ya ozo.


Elaịsha nọrọ ebe a. A chọrọ m ị gbada Jericho.
Ebe ọbụ na Chukwu dị ndụ ma gị dịkwa ndụ, agaghị m ahapụ gị.


Ị ma na a ga-akpọrọ onyenwegị Elaịja je eluigwe tata?
É amara m. Ugbua unu enyezila ányị̄ nsogbu. Debere ya onwe unu. A ga m elegịde ya ányá.


Gịnwa nọrọ ebe a na Jericho a chọrọ m i ga obere ije ruo mmiri Jọrdan.
Ebe ọ bụ na Chukwu dị ndụ a gaghị m ekwe ka i si n’iru m pụọ. Ebe i jere ka m geje.


Lee ụmụ okorọbịa ndị amụma ahụ n’eso ányị ọzọ.
Kedụ ka ányị gesi gafee osimiri a, o toro eto tata?
N’ala kọrọ akọ.
2 Ndị Eze 2:3-7


TAWAI!
Ahh!
Ị hụrụ ya? Mmiri ahụ biliri-ọtọ ka ha gafee.
É, dịka Mozis.
Agaraghị m ahapụ ihe nke a m na-ahụ maka ihe ọ bụla.
*Ọ gaara adị mma ọ bụrụ na ndị-ñchụ-àjà Bel hụrụ nkea.*


Kedụ ihe ị ga-achọ ka m meere gị tupu m hapụ gị?
Ị rịọla m ihe rara ahụ, mana ọ ga-abụ nke gi ma ị hụ m̀gbè m geje eluigwe.
Nyem ugboro abụọ mmụọ nke Chineke nke dị na ndụ gị.

2 Ndị Eze 2:8-11




Wroarrrr
Ụgbọ ịnyịnya nke ọkụ


Oke-ifufe ahụ buliri Elaịja eluigwe.



Ebe nile we dajụọ. Elaijah nozi n’iru Chukwu.
Nanị ihe fọrọ bụ akwa ya. Ọ bụ ya ka o ji kewa mmiri.
2 Ndị Eze 2:11-19


Kedụ Chukwu nke Elaịja?


Mmụọ nke Elaịja nọkwasara Elaịsha!
WHOP!
Nwoke m ụbọchị ta dị egwu!




2 Ndi Eze 2:14-16



ISI 7

# AMỤMA GBASARA KRAỊST

Tinyere Elaịsha, Chukwu kpọlitere ndị amụma ndị ọzọ dịka Aịzaịa, Jeremaịa na Emos. Ndị a bụ ndị ga-akpọ ndị madụ ka ha chigharịa kwụsị ikpere arụsị makwa kwụsị mmehie ha. Chukwu sikwa n’ọnụ ndị amụma a kwuo okwu ma mekwa ka ha dee ọtụtụ ihe ndị ga abịa na mmezu.




“Ọ bụrụ na unu wepụ ihe ọjọọ unu, bupu ibu arọ, lekọta ụmụ ntakịrị n’enweghi nna, lekọta ụmụ nwányị̄ di ha nwụrụ, m geweghachi ma gwọọ unu. Ma ọ bụrụ na unu ekweghi ịlọghachi, m ga-eji mma-agha ripịa unu. Obodo nile ga-agwụ kwa, n’ezie a gesure ya n’ọkụ. Ha gebu ụmụ unu ndị-ikom dum je babịlọn. N’ebe ahụ ka ha ga-abụ ọna-ozi ndị ga na-arụ n’obi Eze ndị Babịlọn.”



Aizaịa 1:2-4,7,16,20,39:7;
jeremaịa 21:8-10

Jeremaịa bụ onye amụma nke nọ n’oge ndị Eze Josaịa, Jehoịakim na Zedekaịa nọ n’ọchịchị (ihe dịka narị-afọ-isii-na-iri-atọ ruo narị-afọ-ise-na-iri-itoolu tupu Kraịst). Ọ sị, “Otu a ka Onyenweanyị sịrị, “Lee, Mụ onwem netinye n’iru unu ụzọ ndụ na ụzọ nke ọnwụ. Onye n’ebi n’obodo a ganwụ site na mma-agha na site n’oke ụnwụ na ajọ ọrịa nke n’efe efe; ma onyeahụ nke ga-apụ gadabakuru ndị Kaldea gbara unu gburu gburu iluso unu agha, ga-adi ndụ. Mana ọ ga-abu onye ọrụ na Babịlọn. N’ihi na echewom irum imegịde obodo a, ka Jehova kwuru: a genye ya n’aka eze Babịlọn, ma ọ gesure ya n’ọkụ.”


Jehova we si n’ọnụ Jeremaịa kwuo sị, “Ma mụ onwem geji aka gbatịrị agbatị na ogwe aka dị ike buso unu agha ọbụna n’iwe n’ọnụma nke dị ukwu. M getipịakwa ndị bi n’obodo a ma madụ ma anụmanụ:

ha ga-anwụ n’oke ọrịa nefe
efe. M̀gbè é mesịrị m’geme
kwa ka Zedekaịa, bụ Eze Juda,
na ụmụ ọrụ ya, na ndị Izrel
fọdụrụ n’obodo a, site n’oke
orịa n’efe efe, site na mma
agha, site n’ụnwụ baa n’aka
Nebuchadnezzar Eze ndị Babịlọn
makwa n’ime aka ndị iro ha na
ndị chọrọ igbu ha: ọ gaghị ahapụ
ma-ọbụ mere ha ebere. Iwe m
ga-ere dịka ọkụ, ọdịghị kwa onye
gemenyụ ya. Ha ga-ebu unu dịka
ụmụ-óhù buba n’ime Babịlọn,
ha gakwa egbu ọtụtụ n’ime unu.
ọtụtụ ndị ga-eje Babilon ga-
anwụ ma a geli kwa ha ebe ahịụ”

Jeremaịa 20:4-6, 21:5-7,10-12




Emọs bụ onye amụma nke nọ site n’oge Eze Uzaịa ruo n’oge Eze Jeroboam nke abụọ (ihe dịka narị-afọ-asaa-na-iri-isii-na-ise ruo narị-afọ-asaa-na-iri-ise tupu Kraịst). Chukwu kwuru okwu site n’ọnụ Emọs, “Nwunye unu dịcha ka ehi na-achọ ka di ha n’enye ha mmányá m̀gbè nile. Unu agakwaghị achị di unu ọzọ. A geji nko dị n’anụ-ahụ unu duru unu ka ụmụ ohu jee Babịlọn.”



Unu na-adabere na arịa ụlọ dị oke ọnụ  ma n’eri nri n’esighi ike juputara na abụba. Unu nege egwu ka unu na-aṅụ mmányá buru ibu. Unu atụdala eziomume n’ala. Unu azọgbuola ụmụ ogbenye ma kụpịa onye eziomume nekweghi eri ngarị. Unu anapula ebe nchekwa ikpe ziri-ezi. N’ihi nke a, unu ga-akụ ubi vine mana onye iro ga-aṅụ mmányá ya, a gekpochapụ ndị agha unu. A gebu unu dịka ụmụ ohu je n’ala unu na amaghị.”



Chukwu kwuru sị, “A ga m emebi ebe ị̄chụ́-àjà Betel, kwatuokwa ụlọ oyi unu na ụlọ okpomọkụ unu. Unu nemegbu ndị ogbenye ma nara ngarị iji wee zọpịakwa ndị nọ na mkpa. Egbochiwom mmiri ozuzo, zite ụnwụ na ọrịa mana unu ekweghi echegharị. Unu kụrụ ubi vine ka mmányá unu juputa mana unu agaghị an̄ụ ya.”
Emọs 4-6
Nne, agụụ na-agụ m.


Narị-afọ-asaa-na-iri-ise-na-atọ tupu Kraịst
Hosea bụ onye amụma n’oge ọchịchị nke ndị Eze Uzaịa, Jọtam, Ahaz na Hezekaịa ( ihe dịka narị-afọ-asaa-na-iri-asatọ-na-ise tupu Kraịst). O buru amụma sị, “Izrel ga-anwụ site na mma-agha, ụmụntakịrị ha ka a getipịa n’ala, ma ụmụ nwányī ha dị ime ka a ga-agbapuru.”
“Ụbọchị ga-abịa m̀gbè Chukwu ga-agbaghara ha mmehie ha, ma hụ ha n’ányá. Izrel ga-ama ifuru dịka okooko lili, ọ genwekwa ihe ịga nkeọma dịka osisi oliv, nesikwa isi dịka osisi Lebanon.


N’afọ ndị na-abịa, m̀gbè Babịlọn gachara,
a ga-achụsasị unu gaa na mba dị iche iche.
Ha ga-akpọgbukwa unu, were ihe onwunwe
unu ma unu agaghị kwa ahụ ebe ezumike.




Aịzaịa 10:21; 35; 51:11; Jeremaịa 30:11; Ezikiel 17:21;
Hosea 13:16, 14: 1-6; Joel 3:2


Dịka akwụkwọ a si kwuo, ndị Ju nile ga-ahapu obodo a, ma ha enweghi ike iburu ihe onwunwe ọbụla.
Keṁgbè ka m na-achọrị inwe ehi a.
N’ihi na mba Izrel jụrụ okwu Chukwu, a ga-achụsasị ha gaa na mba nile nke ụwa ma ha agaghị enwe izu ike ruo ṁgbè Chukwu ga-akpọghachi ha n’ala nna ha.



Ala Izrel nile ga-aghọ ebe tọgbọrọ n’efu. Unu gefekwa Eze Babịlọn ofufe afọ iri-asaa. Ma m̀gbè afọ iri-asaa ahụ gasịrị, m ga-ata Babịlọn ahụhụ n’ihi ajọ omume ha. M geweghachikwa ụmụ Izrel ndị fọdụrụ n’ala a, ka ha wee wughachi ya.
A ga-ahapụ Jerusalem nke na a ga-akọ ya dịka ubi.




Amụma a bịara na mmezu. Onye iro kọrọ ala Jeruselem dịka ubi. Ma n’oge ikpeazụ a gewughachi Ụlọ Nsọ ahụ ma ndị madụ geruba n’ime ya.
Maịka onye amụma nke dị ndụ site n’afọ narị-asaa-na-iri-ise ruo afọ narị-isii-na-iri-asatọ-na-isii buru amụma we sị


“Ma ọtụtụ obodo ga-abịa we sị, bịanụ ka ányị̄ gbago n’ugwu Jehova, n’ụlo nke Chineke nke Jekọp; ma ọ ga-akuziri ányị̄ iso-ụzọ ya, ma ányị̄ ga-agakwa n’ụzọ ya ahụ: n’ihi na iwu gesite n’etiti zaịọn wee pụọ ma okwu nke Chukwu gesite kwa na Jersuselem.”
“Ma Ọ gekpe ikpe n’etiti ọtụtụ madụ, ma bakwara obodo siri ike mba site n’ebe dị ányá; ha getipiakwa mma-agha ha ka o wee bụrụ mma-ọlụ, ha ga-atugharị ube ha ka ha bụrụ nkọ-ikwa-osisi:


obodo agaghị ebuli mma-agha imegịde obodo ọzọ, n'ihi ha-agaghị amụ ka é si alụ-agha ọzọ. ma ha ga-anọ ọdụ onye nile n'okpuru osisi vine ya n'okpuru osisi fig ya; o nwekwaghi onye geyi ha egwu ọzọ: n'ihi na ọnụ Onyenweányī nke usụụ ndị agha ekwuwo ya.
Jeremaịa 25:11-12; Maịka 3:12, 4:1-7
"Ma ányī ga-aga n'iru n'aha Onyenweányī Chineke ruo ṁgbè ebighiebi. N'ụbọchị ahụ, dịka Onyenweányī siri kwuo, a gam achịkọta ndị ahụ achụpụrụ achụpụ ma mekwa ka ha bụrụ obodo siri ike: Onyenweányī ga-achị kwa ha n'elu ugwu Zaịọn site ugbu a ruo ebighiebi."


Jermaịa na ndị ọzọ buru amụma sị:
“Ǹgbè afọ iri asaa ahụ ga-abịa na mmezu, ndị-agha si n’ebe ugwu ga-abịa merie ha na-agha ma ntakịrị ndị fọdụrụ n’ụmụ Izrel ga-alaghachi ala a bịa wuokwa obodo a na Ụlọ Nsọ m.
Eze Zedekaịa emebiwo iwu n’ánya Onyenweányị. Agaghi egbu ya. Ọ geje n’ala Babịlọn ebe ọ gebizu ndụ ya n’etiti ndị ya, mana ọ gaghị eji ánya ya wee hụ Babịlọn. A garụpụ ya ánya. Unu dum ga-anọ Babịlọn afọ iri asaa.”


“Ǹgbè oge ikpe gasịrị, Chukwu ga-agbahara ha mmehie ha ma Jesruselem ga-aghọkwa ebe-obibi n’ime ogbo nile.”
“Were akwụkwọ a m̀gbè I neje Babịlọn ma gụọ ya ebe ahụ  n’iru madụ nile ka ha mara ihe ndị gemezu tupu ha alọta.”
“Á ga m eweghachi Oche-Eze nke Devid ma unu ga-alaghachi kwa bịa werekwa ala unu nile.


Ezikiel buru amụma sị: “Ha ga-agbasasị n’etiti ụwa nile, mana otu ahụ Chukwu siri gbasasịa ha kaọo ga-eji chịkọta kwa ha ọnụ n’ime ala ha.”
“Chukwu kwere Abraham nkwa we sị ya na mkpụrụ ya genwe ala ahụ ruo ebighiebi, ma ọ dịghị alaghachi na nkwa o kwere. Otu ọ dị, ụmụ Izrel bido kwa mmehie, Chukwu geme ka obodo ọzọ megịde ha. Ọ gezipu kwa ha n’ime mba ebe ha ga n’efe chi ndị ọzọ. Ma n’ikpeazụ, ọ ga-akpọghachi ha.
Jeremaịa 34:3, 39:7, 51:60-61,52:11, Ezikiel 12:13-16; Joel 3:20-21, Emọs 9:11-15



“Babịlọn gekpe kwa Ijipt ikpe, ruo ogu afọ abụọ, Ijipt gakwa atọgbọrọ n’efu. M̀gbè ha gemecha laghachi site na Babilon, ijipt agaghị kwa adị egwu dịka ọ dị na mbụ. Mana ha gedi kwa ya ruo m̀gbè oge ahụ gasịrị. N’ikpeazụ, Ijipt na Asiria gesonyere ndị m Izrel n’ọgbụgba ndụ udo nke ụzọ atọ, m ga-agozikwa ha.”


"Á gemibi ndị Filistịa. Ha agaghị adịkwa. Otu a ka ọ ga-adịkwa Ashdọd, Akrọn na Amọn. Ha agaghị adịkwa. Edọm ga-atọgbọrọ n'efu. A gemibi Taya ma nkume ya nile na osisi ya nile ka a ga-atụba n'oke osimiri. Agaghị ebikwa na ya ọzọ. Ala ya ga-adi mụrụ mụrụ ka oke nkume, ebe ndị na-akụ azụ na-agbasa ụgbọ ha."


"Mana Persịa (Iran), Tọkị, Itiopia ya na Libya ga-anọ ruo oge ikpeazụ m̀gbè ha ga-achọkwa i ji-ike we bata n'ala Izrel, mana ha ga-anwụ n'ugwu nke Izrel." lo


Akwụkwọ Nsọ na-abụ eziokwu m̀gbè nile n’ọtụtụ amụma ya. Ala ndị ahụ na obodo ndị ahụ nke é buru amụma na ọ gaghị adịkwa mezuru. Obodo ndị ahụ ndị ga-adigide ruo oge ikpeazụ ka nọsị ruo ụbọchị ta.
Jeremaịa 25:15-26; Ezikiel 25, 26:15-19, 29:12-16, 30:1-8; Emos 1


N’afọ narị-isii-na-ise, babịlọn meriri Izrel n’agha dịka ndị amụma kwuru n’amụma ha.
Onye nwem, maka mmehie ndị nna ányị ka ányị n’ata ahụhụ a. Biko nyere ányị aka idebe iwu gị m̀gbè nile n’ime ala ọhụrụ a.


Ihe karịrị ndị Ju puku ise, ka e kujere Babịlọn dịka ndị mkpọrọ-agha. Ha kpọrọ ụmụ ntakịrị ha na ndị gụrụ akwụkwọ. Ha nwere olileányá na ha ga-aba uru dịka ndị nejere alaeze ozi. N’etiti ha bụ nwokorobia aha ya bụ Danịel.Ọ bu onye nedebe iwu Jehova ma nesokwa ụzọ Chineke nke Abraham.


Ányị̄ nekele gị Chukwu kere eluigwe na ụwa, Eze ụwa nile, na I wetere ányị̄ achịcha site n’ala-aja.
Daniel bụ onye mkpọrọ n’ala ọzọ ma o kpebiri ịnogide na ịbụ onye kwesịrị ntụkwasị obi nye Chi ya. Ndị dọọrọ ya n’agha chọpụtara na o nwere mmụọ dị mma nke mere na ha tinyere ya n’ebe pụrụ iche dịka otu n’ime ndị amamihe nke Babịlọn.


Nebukadneza tere n’ụra ṁgbè ọ rọchara nrọ pụrụ iche
Kedụkwanụ ihe nke a pụtara? N’ezie ọ bụkwa ụdị nrọ a ka ndị chi n’ezite ikpughe ihe geme n’oge na-abịanụ.




Daniel 1:2-7, 17-21, 2:1-11


Á mara m na unu ncha bụ ndị asị. Ndị chi anaghị agwa unu okwu ọbụla. Unu nile ka a gegbu ma ezinụlọ unu. Ebe obibi unu ga-aghọkwa ebe ịnyụ nsị.


O wutere m Daniel mana echi ka a gegbu gị na ndị amamihe nile nke Babịlọn, Eze ekweteghị ndị n̄chụ́-àjà ya.
Mana Jehova bụ Chukwu gekpughe nrọ Eze ya na ihe ọ pụtara. Á choro m ịga nanị m ikpe ekpere. Lee ma i gemeli ka Eze chere otu ụbọchị.


Onye nwem, sọ gị bụ Chukwu na Eze ụwa nile. Biko gosi onye ozi gị ihe nke ga-abịa na mmezu. Ọdịghị chi ọzọ dịka gị.
Danịel, gee mụ ntị...


Ngwa, kpọrọ m jekuru Eze!
Ọ bụrụ na ị gaghị agwa Eze nrọ ya ọ gegbu m ozugbo ozugbo.


Egbulam oge, Ị ma nrọ m ka ị maghị ya?
Eze, ị bụ Eze ndị Eze nile, n'ihi na Chukwu nke eluigwe mere ya otu ahụ. O nyere gị ohuu banyere ihe gemezu n'oge na-abịanụ.
Ezi Chi nke kere ihe nile é kpugheworo onye ozi gị nrọ gị.
Daniel 2:12-30


Onye Eze, ị nwere ohuu. N'ime ohuu ahụ, ị hụrụ nnukwu oyiyi madụ. Oyiyi ahụ negosipụta alaeze gị, ya na alaeze atọ ndị ọzọ ga-eso ya n'azụ.
Ọ bụ eziokwu! Ọdịkwaghị onye m gwara! Chi gị bụ ezi chi.


Gị bụ isi olaedo ahụ, Eze ndị eze. Tupu i merie Juda n’agha, ndị amụma ányị̄ gwara ányị̄ sị na Jehova gekpe ányị̄ ikpe maka mmehie ányị̄, ma were kwa alaeze nye gị. Ta ọchịchị gị ga-adị ebube.


Obi ọlaọcha na-
anochi ányá alaeze ọzọ,
ndị Medes na ndị Persịa.
M̀gbè Ị nwụsịrị, ha gemeri
Babịlọn ma chịakwa ụwa
nile dịka i meworo.


Onye Eze, m̀gbè ị hụsịrị isi ọlaedo na obi ọlaọcha, ị hụrụ afọ ọla. Ọla ahụ na-anochi ánỵá alaeze nke atọ nke bụ ndị Grik. Ọ geso Persịa n'azụ. Ọ ga-adị ngwa ngwa ma dị egwu.
Alaeze nke anọ ga-apụ iche na ndị ọzọ. Ọkpa ya ga-abụ kwa igwe nke ọ geji zogbuo ma tipia ọtụtụ obodo na mba dị iche iche. Mana ị hụrụ na mkpịsị ụkwụ ya bụ igwe na ụrọ. N'ụbọchị ikpeazụ, alaeze ga-ekewa ụzọ iri ma ọgaghịkwa esi ike dịka na mbụ.
Danịel 2:31-33,39-43


M̀gbèahụ, Onye Eze, Ị hụkwara nkume- nke a nejighi aka gbajipụta site n’oke nkume- ka o si n’elu ugwu we gbadata bịa tie oyiyi madụ ahụ n’ọkpa we bibie ya nke bụ alaeze nile ahụ na nwantịntị oge.



Nkume ahụ na-anochi ánụ́á Ọkpara Chineke onye ga-abịa n'ụwa wuo alaeze dị oke ebube.
M̀gbè ọgwụgwụ oge geru, ndị nile nwụrụ anwụ gebilite n'ọnwụ. Ha ga-abịa kwụrụ n'ikpe. Ụgwọ-ọrụ ndị mebiri iwu ga-abụ ihere na nleli ebighiebi. Ndị mere ihe ọma genweta kwa ndụ ebighiebi.


N’enweghi ajụjụ okwu ndị a i nekwu sitere na Chineke. Kedụkwanụ otu ọzọ ị gaara eji mata nrọ m na ihe nile m hụrụ? Á ga m eme gị onye isi ndị amamiihe m nile.
Daniel gara n’ihu na Babịlọn afọ iri-isii-na-asatọ. Ọ kọwakwara ọtụtụ nrọ ma buokwa amụma ugboro ugboro. Ka oge n’aga Eze Nebukadneza nwụrụ ma nwa ya nochiri ányá ya.


N’otu abalị Belshaza, ji iko ndị nna ya wepuru site n’ụlọ nsọ ndị Ju nọ na Jeruselem, nọrọ neri oriri na ọṅụṅụ nke ndị aṅụrụma, aka di omimi wee dee n’ahụ mgbidi ahụ, a kpọrọ Danịel ka ọ kọwaa ya, Chineke mere ka ọ ghọta asụsụ a na-amaghi ama.




Eklisiastis 12:13-14; Aizaịa 9:6-7, 45:1; Danịel 2:34-35, 44-48, 5:1-29; Nkpughe 20:11-21:5.
Ndị amụma buru amụma sị na ndị iro gemeri Babịlọn site na isi na nzuzo we banye n’ọnụ ụzọ ama abụọ nke kwere ka mmiri banye n’obodo ahụ. Ndị Babịlọn agaghị ama maka na ha ga-añubiga mmányá oke. Ọ bụ otu ahụ ka ọdịda Babịlọn siri me.


Ṁgbè ndị Medes na Persịa merichara ndị Babịlọn n’agha, Danịel chọpụtara akwụkwọ ochie nke onye amụma Jehova aha ya bu Jeremaịa dere. Ọ bụ otu n’ime akwụkwọ nke dị n’Akwụkwọ Nsọ. Ka ọ na-agụ, ọ wụrụ ya akpata oyi ṁgbè ọ chọpụtara na Chineke kwuru sị na ndọrọ n’agha na Babịlọn ga-adi nanị afọ iri asaa.
Emesịa, ndị fọdụrụ ga-alaghachi Jeruselem ma wughachi mgbidi na Ụlo Nsọ ahụ. Ka ọ na-agụ akwụkwọ ahụ, ọ chọpụtara na oge narị afọ abụọ tupu ṁgbè ahụ, Aịzaịa onye amụma kpọrọ aha Onye Eze Persịa nke genye iwu nlaghachi ahụ.


Ọ fọdụrụ nwa ntịtị oge ka afọ iri-isii-na-itoolu ruo....nanị otu afọ ka ọ fọrọ. Ọ sị na Saịrụs bụ onye ozi Jehova nke neme uche Chineke. O genye iwu ka ányị̄ laghachi n’obodo ányị̄! Ekele dịrị gị Onyenweányị̄ Chineke, Eze ụwa nile.


Dịka Chukwu kwere Abraham na nkwa, o nyewo ányị̄ ala a, ịbụ ihe onwunwe ebighiebi. Ọ dọrọ ndị nna ányị̄ ha aka na ntị na ọ geme ka ndị iro ányị̄ kpọrọ ányị̄ ma ányị̄ fee chi ọzọ, mana O kwere nkwa na Ọ gaghị echezo ndị Ya. Chukwu emezwo okwu ya, ugbua ányị̄ laghachiri, ányị̄ geme ihe nile O kwuru.
Sairọs tọghapụrụ ndị Ju m̀gbè afọ iri-asaa nke ndọkpu n'agha ha malitere. Ọ dị nnọọ ka Akwụkwọ Nsọ kwuru. Ọ bụ kwa madụ puku iri-ise-na-abụọ laghachiri ije wughachi obodo ahụ.





Aịzaịa 44:28; Jeremaịa 25:11-12, 29:10; Danịel 9:1-2


Danịel mere agadi nke ukwuu, ya mere na o soghi ụmụ Izrel laghachi n'obodo ha. Ihe ọ nọ neme dị mkpa, nke bu ị na-adọ- ndị Eze nke etiti Alaeze ukwu Persia nke nọzi n'ala Babịlọn-aka na ntị. Chineke nyekwara ya ọtụtụ ohuu ọzọ banyere ọdinihu ọbụna ruo ọgwụgwụ nke ụwa. N'otu nrọ, ọ hụrụ anụmanụ arụ ya bụ igwe, onye mmozi gwara ya ihe nke ahụ pụtara.




Chineke negosi gị ihe ga-abụ n’oge ikpeazụ. O kpughere Nebukadneza na a genwe alaeze anọ. E É nweela alaeze abụọ kama m̀gbè alaeze ukwu Medo-Pesia nkea ga-agafe, a genwe alaeze ndị Grik. Ọ gemeri ngwa ngwa mana ọ gaghị adi ányá wee daa. Ọ gekewa ụzọ anọ ndị ga na-aluso onwe ha ọgụ ruo m̀gbè alaeze ahụ ga-afọdụ nanị abụọ. Alaeze abụọ ahụ fọrọnụ ga na-aluso onwe ha ọgụ ruo m̀gbè alaeze nke anọ, na nrọ Nebukadneza, ga-abịa merie ha n’agha. Ọ bụkwa alaeze ahụ bụ anụmanụ arụ igwe ahụ.


Daniel 7:17-28, Matthew 24:4-25
Alaeze nke anọ ga-adị ka igwe n’ike. Ọ ga-adị ike karịa alaeze nile mbụ, ọ gemeri ala nile mana n’oge ikpeazụ a gekewa alaeze a ka ọ bụrụ mba iri. M̀gbè ahụ a genwe otu nwoke nekwu udo, ọ bụ mpi ikpeazụ nke gesi n’isi anụmanụ ahụ pụta. N’ụbọchị ikpeazu ahụ, ọ gekwu okwu ire ụtọ, kwe kwa nkwa udo mana ọ gemeri ma mebie ndị nile. Ọ geguzosi kwa ihe-arụ n’ime Ụlo Nsọ ndị Ju, me ka ọ ghara ịdị nsọ n’usoro ihe omume; nke a geme ka aja ya wee kwụsị. M̀gbè ahụ oke mkpagbu ga-abia n’elu ụwa nile, ma a ga-anaputa ndị eziomume.

Daniel, Chineke chọrọ ka ị mara ihe na-aga ime na m̀gbè ya. Site n'oge é nyere iwu ka é wughachi Ụlo Nsọ ahụ, a genwe narị-afọ-anọ-na-iri-asatọ-na-atọ. M̀gbè nke ahụ gasịrị, a gegbu Messiah n'ụgwọ maka mmehie nke madụ. Na m̀gbè ahụ ka a gemebi Ụlo Nsọ ahụ ọzọ.



Amụma a gemezu, a getekwa Mezaịa mmanụ ma nwee udo nke ndị agbapụtara site na mmehie. Ụmụ madụ genwete kwa eziomume ebighi ebi.

Dị nnọọ ka Danịel dekọrọ, Mezaịa ji mmeri wee bata Jeruselem n’izu ahụ kpọm kwem m̀gbè narị-afọ-anọ-na-iri-asatọ-na-atọ mezuru.



Chukwu gwara Adam na Iv sị na mkpụrụ nke nwányị̄ ga-abịa we bibie onye mmebi iwu ahụ. Ọ gwara Noa na Mezaịa gesi na ezinụlọ Shem.

Mbido 49:9-10; Abụ Ọma 22,53; Aịzaịa 7,9:1-2, 42:1,49:6,53; Danịel 9:25-26; Maịka 5:2; Zakaraịa9:9; Matiu 24:1-2;Ndị Hibru 2:9

Chineke gwakwara Abraham na onye nzọpụta gesi na ụmụ ụmụ ya site na nwa ya Aịzik.

Chineke gwara Aịzik na onye ahụ é kwere na nkwa gesi na nwa ya Jekọp we bịa. Ọ gwakwara Jekọp na nwa ya gesi na Juda we bịa.

Ọtụtụ amụma doro ányá gbasara onye nzọputa é kwere na nkwa ka Chukwu nyere ọtụtụ ndị amụma ya.

Ha sịrị na Ọ nọ ya kemgbe ebighiebi ma na a ga-amụ ya site n'arụ nwányị̄ na amaghị nwoke n'ime obodo Betlehem nke Juda. Ọ ga-adị ka onye ewedara ala ma na-agba kwa ịnyịnya-ibu.

Chukwu gatụkwasị ya mmụọ ya.
Ọ gewete kwara mba nile ikpe.

Ọ ga-aghọrọ mba nile ìhè ma nyekwa ndị nile nọ n'ụwa nzọpụta.

Ọ ga-abụ mezaịa tara ahụhụ ma ndị ya ga-ajụkwa ya. Ọ geji aka na ukwu adụpuru adupu wee nwụọ.

Ọ ga-agba ọtọ ka ọ gbasara aka ya n'obe. Akpịrị ga-akpọ ya nkụ mana ha genye ya mmányá ka ọ nụọ.

Ọ ga-anwụ n'etiti ndị ori ma elie ya n'ili ọgaráný́a.

Amụma Daniel gbasara alaeze anọ ahụ mezuru kpom kwem dịka o siri kwuo. Na afọ narị-atọ-na-iri-atọ tupu Kraịst, Alekzanda nke ukwu onye Gris malitere agha nke nozuru afọ asaa, ebe o meriri mba nile ama ama n’elu ụwa. O merikwara alaeze Med-Persịa. Gris ji ọkwa-ike a ruo ihe dịka narị-otu-afọ-na-iri-isii-na-asaa tupu Kraịst. Ọ bu n’oge ahụ ka alaeze ụwa nke anọ, bụ Rom, malitere mmeri ha.

Na nrọ Nebukadneza, Rom bụ ụkwụ na ọkpa nke igwe ahụ ma na ohuu daniel, ọ bụkwa anụmanụ ahụ arụ ya bụ igwe. Dịka ike ya na ọchịchị ya nọ n’eto na ohuu Danịel ya na amụma ndị amụma, n’oge afọ ise tupu Kraịst, alaeze rom ji aka igwe we na-achị Izrel.

# Afọ narị ise gasịrị

afọ narị ise we gafe kem̀gbè amụma danịel. n’afọ isii tupu kraịst ndị rom kwetere ka ndị ju n’efe chi ha chọrọ ife mana ha nara ha oke ụtụ. é wughachiwo ụlo nsọ, ọ bụ kwa ebe ahụ ka ndụ ndị ju nile bidoro ma kwụsị. ọtụtụ ndị n’ime ha echezọlarị maka amụma onye nzọpụta nke na-abịanụ. mana ụfọdụ ndị debere iwu chineke ma nwekwa olileányá kraịst. otu n’ime ha bụ agadị nwoke aha ya bụ simeon. ọ bụ nwoke dị nsọ nke nọ neche ịhụ onye nke ahụ é buru amụma maka ya. ọ gụọla akwụkwọ amụma ahụ ọtụtụ m̀gbè wee mata na oge mmezu ya dị nso. mana ọ na-aka nka n’ike, ọ makwara na ọ gaghị ete aka nwụọ. puku afọ anọ agaala ka chukwu kwere adam na iv nkwa mkpụrụ ya ga-abịa bibie ọrụ nke onye-ahụ-nemebi-iwu.

oge eruola, amụma narị-atọ-na-iri-ise éjikerela imezu.



ISI 8

# ÀGBÀ OHỤRỤ


Afọ isii tupu Kraịst
Chukwu nke Abraham, Aizik na Jekop. Echewo m onye nzọpụta ányị̄ ogologo oge. Ma m̀gbè na-adịghị ánya agaghị m adị ndụ ọzọ.
N’ezie ị gaghị anote aka wee nwụọ, mana ị ga-ahụ onye ahụ m kwere na nkwa tupu ị nwụọ.


Simeon, Ị na-abịa ebe a ụbọchị nile, ọ ga-amasị m ma ọ bụrụ na ndị-ñchụ́-àjà nile neme ka gị.
Simion tupere Akwụkwọ Nsọ wee chọpụta ọtụtụ amụma gbasara Kraịst.
Kedụ ihe i chere maka amụma n'akwụkwọ Aịzaịa gbasara Kraịst? O kwuru sị na nwagbọghọ na-amaghị nwoke ga-atụrụ ime ma mụọ nwa nwoke. Nke a ga-abụ mkpụrụ nke nwányī dị ka Chukwu gwara Iv.
É, Aịzaịa kwukwara sị na a ga-akpọ ya Chukwu dị ike. Mana amụma ndị a rara ahụ na nghọta.


N'ime akwụkwọ Maịka 5:2, nwa nwoke ahụ dị ebighiebi dịka Chukwu. Kedụ kwanụ maka amụma nke nọ n'ime Abụ Ọma 45:6 ebe Chukwu kpọrọ nwa ya Chukwu?
Ị ga-achọta ndị madụ na-adịghị ọtụtụ ndị gekwete na ihe a i nekwu, ya mere ekwusi kwala ihe a ike n'etiti ọha ka ha ghara iji nkume tigbuo gị.
Ị ga-ahụ na tupu ma nwụọ, Mezaịa ga-abịa n'Ụlo Nsọ a. A ga m ahụkwa ya.


O nwere ike ịbụ eziokwu ka ọ na-ekwu.
I wee bụrụ onye? Kedụ ihe ị mara maka ụmụ ihe ndị a?


O nweghị ka m siri hara ịnụ mkparịta ụka unu. Mụ onwe m aguwo akwụkwọ nsọ wee hụ na afọ-narị-ise gara aga, Daniel nwere ihe dịgasị omimi o kwuru maka obịbịa Mezaịa.
Kedụ ihe i chere na ị ma nke ndị ode akwụkwọ na-amaghị?
Mbido 3:15; Abụ Ọma 45:6; Aịzaịa 7:14,9:6; Danịel 9:25-26; Maịka 5:2; Luk2:25-26


Nna m bụ ode akwụkwọ, ma o gosiwo m amụma nke Chukwu gwara Daniel; nke bụ na site n’oge é nyere iwu iwughachi Jeruselem ruo ǹgbè a ga-egbu mezaịa, ga-abụ narị-afọ-anọ-na-iri-asatọ-na-atọ.
Tata geme ya narị-afọ-anọ-na-iri-anọ-na-itoolu ényesịrị iwu ahụ. Ihe fọdụrụ buzi afọ-iri-atọ-na-anọ. Nke a pụtara na Mezaịa nwere ike n’ejegharị n’okporo ụzọ ugbu a.
Mba, o mezubeghi. Mmọ Nsọ kpugherem na tupu m nwụọ, a ga m ahụkwa Mezaịa na nwantakịrị n’ime Ụlo Nsọ a.
Kedụ ka i si mara udị ihe ahụ?
Ị ga-ahụ ya.

**Ka Simion nọ na-aka nka na-aga n’iru, ọ nọkwa n’Ụlo Nsọ neche m̀gbè ọ ga-ahụ Kraịst nke e kwere na nkwa.**

**Otu onye-ñchụ́-àjà aha ya bụ Zakaraịas bara n’ime Ụlo Nsọ ije kpe ekpere. Ya na nwunye ya kara nka ma ha amụtabeghi nwa.**


Na mberede, onye mmozi putara n’aka nri nke ebe ịchụ́-àjà ahụ.
Atụlegwu, Chukwu azawo ekpere gị. Nwunye gị Elizabet ga-amụta nwa nwoke nke ị ga-akpọ Jọn.
Ọtụtụ ndị ga-aṅụ ọṅụ n’ọmụmụ ya, maka na ọ bụ ya ga-akwado ndị madụ maka ọbịbịa mezaịa. Ọ gaghị aṅụ mmányá ma-ọbụ ihe ọnụnụ n’egbu egbu. Ọ genwekwa mmụọ na ịdị-ike nke Elaịja.


Kedụ ka m gesi mara na ihe i kwuru bụ eziokwu? Mụ na nwnye m akafeela ịmụta ụmụ. Nwunye mụ adịtubeghị ime mbụ na ndụ ya nile.
A bụ m Gabrịel, nke neguzo n’iru Chukwu, ma o dunyere m ịgwa gị ihe ndị a. Ị chọrọ ịhụ ihe-iribama? Ị gaghị ekwu okwu ọzọ ruo m̀gbè ihe ndị a gemezu gị n’iru.


Obi ga-adị m ụtọ m̀gbè mụ na gị genwe ike kparịta ụka maka ihe nke a. Ụlọ jụrụ nnọọ oyi. I ma na i kwesighi ịsaghachi ndị mmozi okwu.
Zakaraịas, ọ ka rara m ahụ ikwete. Dịka Sara, nne nke obodo ányị̄, Chukwu nuru ekpere ányị̄. Aga m abụ nne onye amụma ukwu.

Ruo puku afọ anọ, ndị amụma nọ nekwu maka ọbịbịa mezaịa. Afọ narị asaa gara aga onye amụma aha ya bụ Aizaịa kwuru sị: “Lee, nwányị̄ na-amaghị nwoke ga-atụrụ ime ma mụọ nwa nwoke. Aha ya ga-abụ imanụel, Chukwu nonyere ányị̄.”



Meri kwere nkwa ịlụ Josef. Ọ dịghị m̀gbè ya na onye ọ bụla nwetụrụ mmekọrịta chiri ányá. Ọ nerube isi n’iwu nile Mozis.


Na mberede, onye Mmozi bịakutere Meri!
Meri, ị hụtawo amara n’iru Chineke. Ị ga-atụ ime n’afọ-gị, we mụta nwa nwoke nke Chineke.
Kedụ ka ihe a gesi mee ebe ọ bu na enwetubeghi m mmekọrịta nwányī na nwoke?
Mmọ Nsọ Chineke gekpuchi gị. Mkpụrụ nsọ ahụ nke ga-anọ n’ime afọ-gị ga-abụ Ọpara Chineke. Nwanne-nne-gị, bụ Elizabeth,nke a na-akpọ nwányī-àgà, dị ime ugbu a, nke a bụ ọnwa nke isii ya.

Aizaia 7:14; Luk1:5-20, 26-40




Elizabet !
Meri nwam!


Onye a gọziri agọzi ka ị bụ n’etiti ụmụ nwányị̄. Onye agọziri agọzi ka mkpụrụ nke afọ gị bụ. A bụ m onye na nne Onyenwem ga-abịa lete m? Maka na m̀gbè ahụ m nụrụ olu gị, nwam bụ n’afọ wuliri-elu n’ọn̄ụ.
O buliwo ányị̄ ndị na-adighi ihe obula ányị̄ bụ. Dịka ọ gwara nna ányị̄ Abraham, O chetawo ányị̄ n’ebere.
Mkpụrụ obi m neto Chineke n’ezie, mmụọ m na-añụrịkwa ọñụ n’ime Chineke Onye nzọpụta m. M̀gbè nke a gasịrị, ogbo nile ga-akpọ m onye agọziri agọzi n’ihi na o mewo ihe dị ukwuu.
Meri nọrọ na nke Elizabet ọnwa atọ.


Oge ruru m̀gbè Elizabet ga-amụ nwa.
Zakaraịas sị na ọ ma na ọ ga-abụ nwoke. Ọ sị na onye mmozi gwara ya.
Ọ dị mma ka ọ bụrụ nwoke, ka o wee zaa aha nna ya Zakaraịas.
Lee ka ọ na-abịa ugbua, ka ányị̄ jụọ ya.


Ọ sị na onye mmozi kụrụ ya ogbi maka na o kweteghị.
Kedụ aha ị ga-akpọ nwa gị?
Ọ chọrọ ihe odide.


Ọ sị na aha ya ga-abụ Jọn dịka onye mmozi nyere iwu.
Mana enweghị onye ọbụla n’ezinụlọ a aha ya bu Jọn.


N’ezie ọ bụ nwata nwoke. Nwata nwoke gbara ajị nke ukwuu.


Aha ya bụ Jọn n’usoro okwu Chukwu. Ọ bụ ya gegosi ndị obodo Izrel onye bụ Mezaịa
O kwuwo okwu! Ọnwa ndị a nile agasiwo ma o kwuwo okwu!
Onwere ike ịbụ na nwa a bu Elaịja nke é buru n’amụma?
Luk 1:41-64



Ma Josef chọptara na Meri dị ime ma mara na ọ bụghị nwa ya.
Nne m, ọ rara m ahụ ikwete. Ọ dịghị ndị nwoke ya na ha na-akpa. Mgbè nile ọ nọ n’etiti ezinụlọ ya, madụ nile maara na Meri bụ onye na-atụ egwu Chineke. Ọ bughị m tụwara ya ime! Mana anaghị ekpuchi afọ ime aka, ọ di ime.


O Josef, kedụ ihe i geme?
A gaghị m alụ kwa ya ugbu a. Mana achọghịm ime ka ọha mara. Ha nwere ike itigbu ya n’ihi mmehie ịkwa-iko. É nwere m ike iji nwayọ gbaa ya alụkwaghịm.


Onye ka ọ sị bụ nna nwa ya?
Ọ sị na nna nwa ahụ bụ Chukwu, na ọ bụ mmụọ nsọ kụrụ mkpụrụ nwa n’ime afọ ya, na ọ bụghị ihe nwoke mere.


Leele Meri! O tufuru uche ya?
Ọ sị na nwa o bu n'afọ ga-abụ onye nzọpụta ụwa nile, Ọkpara Chineke.
Nke ahụ bu ihe nkwulu nye nwányī dị otu ahụ. A ga m ahapụrịrị ya ngwa ngwa na nwayọ nwayọ dịka o kwere mee.


Na ṁgbède ahụ, dịka Josef nọ n’ụra, onye mmozi bịakutere ya.
Josef nwa nke Devid, atụlegwu i were Meri dịka nwunye gị, n’ihi na nwa ahụ ọ dị ime ya bụ Mmọ Nsọ tinyere ya. Ọ ga-amụ nwa nwoke ma unu ga-akpọ aha ya Jizọs n’ihi na ọ ga-agbapụta ụmụ madụ site na mmehie ha.



Nke a bu mmezu amụma Aịzaịa: “Nwányị̄ na-amaghị nwoke ga-atụrụ ime ma mụọ nwa nwoke nke a ga-akpọ imanuel, nke putaranụ “Chukwu nọnyere ányị̄.”


Meri, kedụ ka i gesi gbaghara enweghi-okwukwe m, n’ebe ị nọ?
A mara m na ihe a nile gbagwojuru ánýá. Site n’etiti ndị inyom Izrel nile n’ime ohu afọ nile gara aga, Chukwu wee họpụta m na ọ bụ mụ ga-akpọbata Mezaịa n’ime ụwa.


Kedụ ihe nwa ahụ ga-adị ka ya? Ebe ọ na-aga ịbụ Chukwu n’ime anụ-arụ madụ, ọ ga n’ekwu okwu ka amụsịrị ya? Ọ ga-amalarị kesi agụ akwụkwọ?
Oh, Josef, amaghị m, mana Chukwu ma. Ányị̄ gechere we hụ ánya.

Mbido 3:15;
Aịzaịa7:14, 9:7;
Matiu 1:18-23;
Luk1:32-33




Josef na Meri bi na obodo Nazaret n’ime Galili mana é nwere amụma ochie nke sịrị na a ga-amụ  Mezaịa na Betlehem nke Judia(Maika 5:2). Oge erutewo nso m̀gbè Meri ga-amụ nwa ya kama ọbụghị ebe ahụ ọ nọ ka o kwesịrị ịmụ nwa ahụ. Ha amaghị maka amụma nke a, n’ihi ya, o nweghi ihe ha geekwere jee ogologo njem iga Jerusalem.
Unu geenụ ntị, unu geenụ ntị. Na nkwupu okwu sitere n’Ụloeze, nke Siza n’onwe ya bịanyere aka, a genwe agụmọnụ. Ya mere ka ụmụ Izrel nile laghachi na mba ebe a mụrụ ha, idebanye aha ha maka ịtụ ụtụ isi.


Josef, nke a pụtara na i geje Betlehem. Ị gaghị anọ ya ṁgbè m ga-amụ nwa.
Ndị madụ agaghị aghọta ma m anọghị ya. A ga m akpọ gị je Betlehem.


Meri, agaraghị m akpọ gị jee njem a. Ọ dịka ányī ga-alaghachi azụ.
Mba, mụ na gị ga-anọ oge a ga-amụ nwa a. Ọdịghị onye ọzọ ghọtara nụ.



Ha ji ihe kariịrị otu izu mee njem ihe fọdụrụ obere ka ọ bụrụ otu narị maịl.
Ka ányī mee ngwa ngwa ma o kwe gị omume maka na oge eruola.
Ka m le ma ányị genwete ebe ányị ga-akwụ ụgwọ ma nọrọ.



Meri, a chọtara m nwányị̄ genyere gị aka ịmụ nwa.
Ọ bụ na ị hughi mkpuru ányị̄ ga-anọ?
Mba, ebe nile juru eju.


I mere nke ọma na nwa mbụ gị a. Ọ bụ ihe nwute na a mụrụ ya n’ụlọ anụmanụ.
Ekwela ka nke ahụ nye gị echiche, otu ụbọchị geru m̀gbè ọ ga-achị ụwa nile.
Ọdịmma, kama o yiri m nwa nkịtị.

Luk 2:1-7


Gịnị? Ọ bụkwanụ mmozi!
Ndị mmozi karịrị otu puku!
Ekele dịrị Chineke n’ebe kachasị elu! Chukwu ewetewo udo n’ụwa, n’ihi na obi ya dị mma n’ebe ụmụ madụ nọ.


Ụjọ atụla unu n'ihi na ọ bụ Chukwu dunyere m ka m gbasara unu ozi-ọma nke ụmụ madụ nile. N'ihi na amuworo unu ta n'obodo Devid, onye nzọpụta nke bu Mezaịa ndị Ju, Onyenweányị̄



Nke a ga-abu ihe-iribama nyere unu, unu ga-achọta nwa ahụ ka a mara ya akwa ebe o dinara n’ime efere nri ụmụ anụmanụ.


I kwetere na ndị mmozi ga-abịakute ányị̄?
Ị nụrụ ihe o kwuru? A muwo Mezaịa n’ala Izrel.
Cherenụ a ga m agwa nwunye m!
A chọrọ m ije hụ ya.
Onye nzọpụta! Udo n’etiti ụmụ madụ! Nwa ntakiri? Ka ányị̄ je hụ ya.


Mezaịa!
Ewela iwe na ányị̄ nenye gị nsogbu. Ọ bu kwa onye mmozi sị ányị̄ bịa.
Onye gaara eche na Chukwu ga-adị ka nwantakịrị?
Luk 2:8-20


Oge wee ruo m̀gbè Meri na Josef geeku nwa ahụ jee gosi onye-ǹchụ́-àjà ma nyekwa onyinye so ya dịka é dere n'iwu.
Josef, nke a bụ ya mbụ ije Ụlo Nsọ, ma ọ dighị onye mara na Jizọs bụ Kraịst.
Echeghi m na ányị kwesịrị ịgwa onye ọbụla. Ányị geche ka otolite.


Simion no n’ime Ụlo Nsọ.
Lekwa ya! Ányị̄ echewo ogologo oge.
Meri onye bụ onye ahụ?
A maghị m. Ọdịghị onye maara ányị̄ ebe a.


Ngozi dịrị gị onye-nwe-ányī Chineke. Ugbua aga m anwụ n’udo n’ihi na ányá m ahuwo nzọpụta gị, dịka i kwere na nkwa. Ọ ga-abu ìhè ndị ọbọdọ ọzọ ma bụrụ kwa ebube Izrel.
Mana kedụ ka i si mara?


Nụrụ olu m, nwa a gebuli ọtụtụ madụ ma mekwa ka ụfụdụ daa. A gekwu ụka megịde ya.
É, ma obi gị getiwa ǹgbè Ị ga-ahụ ihe ọ na-agabiga.


Lee! Mezaịa. Ọ biawo n’Ụlo Nsọ ya. Nke a bụ onye ndị amụma kwuru maka ya.
Onye a bụ Ana, o biele ndụ ya nile n’iche Mezaịa.


Nwokorọbịa, nwatakịrị a bụ Kraịst, onye nzọpụta ụwa nile. Ọ ga-agbapụta Izrel site na mmehie.
Site n’oge ahụ gawa n’iru, Ana kwuru okwu gbasara ya na nti ndị nile na-achọ mgbapụta.

Lk 2:27-38


N'ime obodo ndị nọ n'ebe mbilite ányánwụ n'akụkụ Izrel, é nwere ndị amamihe ndị gụrụ ederede m̀gbè ochie ma chọkwa ima ihe gbasara Chukwu. Ha maara amụma gbasara ọbịbịa Mezaịa. Site na nrọ ya na ohuu, Chineke kpughere ha na-amụwo onye ahụ é kwere na nkwa. M̀gbè é mesịrị, ha chọpụtara kpakpando dị iche nke tụrụ aka n'Izrel.
Ányị̄ ejetela njem a. Nke a bụkwa ala ányị̄ n'amaghị. Ọtụtụ izu agaala.
Mana kpakpando ka na-aga n'iru. Ányị̄ gesorịrị ya dịka ányị̄ nwere ike ya.



Eze m Herod, ọ dị dimkpa atọ yiri ọgarányá ndị si n'obodo-mbilite-ányánwụ we bịa. Ha sị na ha na-achọ eze ọhụrụ ndị Izrel, nwatakịrị a mụrụ ọhụrụ.
Izrel enweghị eze m̀gbè ahu maka na ndị rom na-achị ha, mana eze ndị Ju nke ndị rom nyere ọchịchị nọ na-achị na Jeruselem. Ndị amamihe ahụ jekwuru Herod ka ha jụọ ya maka eze ọhụrụ a mụrụ.
Nwa eku n'aka? Eze? Ọ bụ mụ bụ Eze. Kpọtara m ha, ma je kpọọm ndị-ode-akwụkwọ na ndị farisi.


Unu sị na unu bịara ịhụ eze a mụrụ ọhụrụ? Kedụ ka unu siri mata?
Ányị̄ ahụwo kpakpando ya na mbilite ányánwụ. Ányị̄ bịakwara ife ya.
Kedụ ebe ọ nọ?
Ányị̄ amaghị kpọm kwem, ọ bụ ya mere ányị̄ jiri bịa ịhụ gị.
A kpọkọtawom ndị mụrụ akwụkwọ. Ányị̄ ga-ahụ ihe ha mara gbasara okwu a. Soro m baa na mkpuru.


Ha sị na ha biara ife eze ndị Ju nke e buru n’amụma ga-abịa we zọpụta ha. O nwere ihe akwụkwọ unu kwuru maka Eze a?
E, ọtụtụ ndị amụma kwuru maka ọbịbịa ya mana ányị̄ ekweteghi na ụmụ amụma ndịahụ gemezu kesi kwuo ya.
Achọghị m ima ihe unu chere, gwanụ m kpom kwem ihe amụma ahụ kwuru.
Onye amụma aha ya bu Maịka kwuru sị na a ga-amụ Mezaịa na Betlehem site n’egbo ndị Juda.

Matiu 2:1-8; Maika 5:2




Egwu dakwasara Herod n’ihi eze nwata nke a mụrụ. Ya mere o ji chọọ igbupu nwa ahụ ma ọ chọpụta ebe ọ nọ.


Ihe odide ndị amụma Izrel adịghị ka ndị ọzọ. Ahụtụbeghi m amụma zuru ezu dị otu ahụ.
Nke ahụ juru ánya, otu ndị edemede ahụ siri mara kpom kwem ebe a ga-amụ nwa ahụ. Mana ha enweghị ugwu n’ebe ndị amụma ha nọ.


Lee! Ọ bụkwa otu kpakpando ahụ ányị̄ hụrụ na mbilite ányánwụ!
Ma ọ dịghị ka kpakpando ọbụla ányị̄ hụtụrụla. Ọ naghị ejegharị ka kpakpando ndị ọzọ, ọ nenwu kwa nke ukwuu.
Kara ọnọdụ ya maka echi, ányị̄ geso ya.


Lee ya ka o guzo n’elu ụlọ ahụ. Mana ebea a bụghị Betlehem. Ọtụtụ izu agaala, o nwere ike ha akwapụla.
Njem a anoteela aka ma ọ fọdụrụ nwantintị oge ka ányị̄ ruo.
Ọ bụ kpakpando dị iche n’ezie. Ọdịghị ihe o ji dị elu karịa igwe oji.


Ányị achọghị inye unu nsogbu mana ọtụtụ izu agaala site na m̀gbè ányị malitere njem a, ịbịa hụ ma fee Eze nke a mụrụ ọhụrụ.
Kedụ ka unu si mara?
Ányị na-agụ ederede nsọ nke obodo nile. Ndị amụma unu kwuru maka obịbịa ya, ma ányị hụkwara kpakpando ya. Ọ bụ ya duru ányị bịa ma ọ kwụsịrị n'elu ụlọ unu ugbu a.


Site n’obi ewedara ala, ányị̄ nenye obere onyinye ị kwanyere onye-nzọpụta-ụwa ugwu. Ọ geme ka igwe madụ soro ụzo ezi omume.
N’abalị ahụ, Chukwu gwara ndị amamihe ahụ okwu na nrọ sị ha agwala Herod ebe ha hụrụ nwa ahụ. Ọ si ha si ụzọ ọzọ laghachi obodo ha. Chukwu gwakwara Josef ka ọ kpọrọ nwa ahụ jee Ijipt n’ihi na Herọd ga-achọ igbu ya.
Matiu 2:9-12


Ndị ikom ahụ si na mbilite-ányánwụ bịa, ghọgburu m. Ha si ụzọ ọzọ we laghachi be ha. Ọ pụtara na ha chọtara nwa ahụ ma ụjọ ekweghi ha laghachi bịa gwam.
Dunye ndị agha ọpụrụ-iche m ka ha je Betlehem. Sị ha gbuo ụmụ ntakịrị nwoke site na nke amụrụ ọhụrụ ruo afọ abụọ.


Ọtụtụ afọ tupu oge a, ndị amụma k̇wuru maka ihe omụme dị mwute nke geme na Jeruselem.



Josef na Meri kpọọrọ nwata ahụ bụ Jizọs jee n’ala Ijipt. Onyinye ndị-ikom-amamihe ahụ ka ha ji bie nke ọma n’ime afọ abụọ ahụ ha nọ ebe ahụ.
M̀gbè Herod nwụsịrị, m̀gbè Jizọs gbara afọ abụọ, Chukwu nyere iwu ka ha laghachi Izrel. Nke a bụkwa mmezu amụma nke Akwụkwọ Nsọ: “A kpọrọ m ọkpara m site n’Ijipt.”


Ǹgbè ha si n’Ijipt we bata, onye mmozi gwara Josef ka ha je biri n’obere obodo aha ya bụ Nazaret.
Nke a bụ kwa mmezu amụma, nke si na a gakpọ ya nazarin.
Ndị ikom ise m a garụ ọrụ si ụtụtụ ruo abali? Bịanụ rie ihe.
Jizọs na papa ya Josef rụkọrọ ọrụ n’ụlọ-ọrụ ọ̄kwá-nkà. O tolitere gbaa dimkpa n’arụ ya makwa n’ime mmụọ. O nwekwara oke amamihe.
Jeremaịa 31:15; Hose 11:1; Matiu 2:13-23


Ǹgbè Jizọs gbara afọ iri na abụọ, Josef kpọ ezinụlọ ya gbago Jeruselem maka emume ngabiga. Ha bukwa atụrụ ha nke ha geji chụọ àjà n’ihi mmehie ha.
Jizọs buru aturu ahụ jee nye ndị-ọ̄chụ́-àjà. Ha kwesiri inabata ya tupu echi. Ányị̄ ga-achọkwa ebe ányị̄ gehi n’abalị a.
Nna ányị̄, m gesonwu Jizọs je hụ Ụlo Nsọ?


Ọtụtụ ụbọchị we gaa m̀gbè a chụchara aja...
Josef ahụtabeghi m Jizọs ebe ọ bụla. Ọdịghị onye huworo ya kem̀gbè ụbọchị ta.
Mana ọ maara na ányị̄ anabago. É chere m na ya na ndị ụmụ nne ányị̄ geso.
Ọ na-adị m ka ányị̄ hapụrụ ya na Jeruselem
Ányị̄ ga-alaghachi jee chọọ ya.


Unu nile kwere na onye nzọputa ga-abụ nwa Devid, n’ihi na otu ahụ ka ndị amụma kwuru. Unu nile kwekwara na Devid kpọrọ ya Onyenwem; dịka Mezaịa ma-ọbụ Chukwu ya. Ọ bụrụ otu a, kedụ ka Mezaịa gesi bụrụ nwa Devid na Chukwu Devid n’otu m̀gbè, ọ gwula ma...
Ọ ga-adi mma ma ị ghara ụdị echiche ahụ i neche, ihe gesi na ya we pụta nwere ike ibụ arụ.
Mana i nekwu dịka nghọta gị o ziri ezi. Ndị okenye bụ ndị nwere nghọta gbasara okwu omimi ndị a.


Aịzaịa 9:7; Luk 2:42-46; 2 Timoti 3:16-17
Akwụkwọ nsọ ga-abụrịrị eziokwu ma-ọbụ ụgha. Ányị̄ a nekwete sọsọ ndị nke dabara n’omume ányị̄?
Lee ya ebe ahụ.
Onwere m̀gbè eziokwu na-adi omimi? Ọ bụ na enyeghi ányị̄ Akwụkwọ Nsọ ka ányị̄ nwee nghọta.
Mana ị gaghị é were okwu nile ndị nkuzi ányị̄ kwuru dịka ha si kwuo ya.


Jizọs, ányị achọọlagị ebe nile. Ọ bụ gịni mere i ji we mee ányị ụdị ihe a?
Ányị na ya nọ keṁgbè abalị abụọ. Unu nwere nwa nwoke pụrụ iche.


Gịni mere unu ji na-achọ m ebe nile? Ọ bụ na unu amaghị na m ga na-arụ ọrụ nnam?


Ahụtụbeghi m okorọbịa maara Akwụkwọ Nsọ otu a.
Kedụ ihe ọ pụtara ṁgbè ọ sị na ọ ga na-arụ ọrụ nna ya? Ọ bụ na onye ahụ abụghị nna ya nọ na-achọ ya?


Jizọs soro nne na nna ya la ma sọpụrụ ha. Ọ gara n’iru n’ọrụ ya n’ụlọ-ọrụ okwa nka. O tolitere ma na amamihe ma na ọdịdị.
Maka na ọ neje ije n’eziomume ma bụrụ kwa onye na-achọ ọdịmma madụ nile, ndị madụ we hụ ya n’ányá.


Ǹgbè ụmụ okorọbịa ndị ọzọ nọ n’adaba na mmehie, Jizọs nọ n’edebe iwu Chineke site n’obi ya.
I neji obi ọcha eme ihe karịsịa. O nweghị onye ọ̄kwá-nkà ka gị mma na Nazaret dum. M gewere isii ọzọ dịka ya.
Luk 2:46-52


Chetekwa na Elizabet mụrụ nwa nwoke ọnwa isii tupu Meri amụọ nke ya. Onye mmozi gwara Zakaraịas kpọọ ya Jọn ma kwa na ọ gedozi obi ndị madụ maka ọbịbịa Mezaịa. Ọtụtụ ndị amụma bukwara nka n’amụma n’afọ narị ise gara aga.


Unu ga-atụgharị site n’ụzọ ndị nemebi iwu we bido ị sọpụrụ Chineke, maka na Alaeze Eluigwe nọ na nhazi. Unu kwado obi unu ịnabata Mezaịa, a ga m edotụ unu na mmiri.


Mana o nwere onye na-abịa n’azụ m, nke a họtara tupu ahọta m, maka na ọ nọ ya tupu m bịa. Ọ gedotụ unu, mana ọ bụghị n’ime mmiri, ọ geji Mmọ Nsọ nke Chukwu n’onwe ya. Rapụnụ mmehie tupu oge aganarị unu.
Kedụ ihe ányị̄ geme Jọn? Kedụ ihe Chukwu sị ka ányị̄ mee iji bụrụ ndị ezi omume.


Ọ bụrụ na I nwere uwe-mkpuchi abụọ ma gị hụ nwoke nenweghị otu mkpụrụ, nye ya otu n’ime abụọ ahụ. I nwekwa erimeri ma hụkwa ka onye ọzọ nọ n’agụụ, nye ya nri.
họọrọ madụ nile ikpe ziri ezi.


Jọn, kedụ ihe ányị̄ ndị na-arụ na gomentị geme ka o wee masị Chineke? A bụ m onye na ana-ụtụ ma Nabal na-arụ na kọstọm.
Erila ngarị. Ejila oche gị we napụ ndị madụ ego. Jiri ányá ọma na ikpe ziri ezi n’eme ihe gị dum.


A bụghị m onye be gi ma-ọbụ onye okpukperechi gị kama a chọkwaram ịmasị Chineke. Kedụ ihe m geme?
Emesola ndị ị na-achị ihe ike. Ezula ori ma-ọbụ were okwa gị iji napụ madụ ego ma-ọbụ ihe onwunwe. Ka ụgwọ ọrụ gị ju gị afọ.





Malakaị 3:1; Luk 3:2-18, 7:24,27


A bụghị m Mezaịa
Mba, mana dịka onye amụma Aịzaịa kwuru, “A bụ m olu nke nebe n’ọzara, kwazie ụzọ nke Mezaịa.”
Onye ka gịnwa bụ nekwu okwu maka Mezaịa? Ị si n’ịbụ onye?
Ị bụ onye amụma ahụ nke Mozis kwuru ga-abịa duru ndị madụ laghachi na Chukwu?


Ebe ọ bụ otu ahụ, kedụ kwanụ ike i nwere idotụ ndị a na mmiri?
Ọ bụ onye ozi ka m bụ, nke na-akwaziri Mezaịa ụzọ. Mana unu bụ ụmụ agwọ. Unu chere na maka na unu bụ ndị Ju bụrụkwa ụmụ Abraham, na unu bụ ụmụ Chineke.
Ọ dị oke mkpa na unu wepụrụ mmehie okomoko na mpompo. Atụkwasiwo anyụike n’ukwu osisi, agegbutu kwa unu, tụba unu n’ọkụ ikpikpe ma ọ bụrụ na unu agbanweghị obi unu.


Jọn, ị sịrị na Mezaịa gahụ abịa. Kedụ ka i gesi mata ṁgbè ọ bịara?
Onye mmozi Chineke gwara m na onye ọbụla m hụrụ ka Mmụọ Chineke bịakwasara dịka nduru ga-abụ ya bụ Mezaịa nke Izrel ma bụrụkwa onye nzọpụta ụwa nile.


A mara m na oge a ga-abịa. Gabrịel, onye mmozi, gwara m na m genwe oke mwute.Ọ gaara adị mma ma ọ bụrụ na papa gị Josef dị ndụ ka ọ hụ ihe nile neme ugbu a.
Kedụ ihe i geme? Kedụ ka i gesi bido? I geje n'Ụlo Nsọ?
Jọn nọkwa nekwusa ozi-ọma ya keṁgbè ọnwa isii ma Jizọs dị afọ iri atọ.
Amaghị m. Nna m gegosi m. Nke mbu, a ga m eje hụ Jọn ka o wee dotụ mụ na mmiri. Ọ kwadowo nnukwu madụ maka ụbọchị mgbanwe.




Deuteronomi 18:15;
Aịzaịa 40:3; Matiu 3:1-12;
Luk3:15-18, 23; Jọn 1:19-27,33


Kwadonu maka ọbịbịa Mezaịa. Unu bụ ndị nna tụgharịanụ obi unu nabata kwa ụmụ unu. Unu gaghọrịrị ndị amamihe. Wepụta oge na ume unu kuziere ha iwu nke Chineke. Ọ bụrụ na ụmụ unu nenupu isi hụ eziokwu unu, ọ ga-atụgharị obi ha n’ebe ndị nna ha nọ. A ga-agwọkwa ezinụlọ unu.
Ọ bụrụ na nke a bụ uche obi gị, ma ọ bụrụ na i nwee mmasị i so Mezaịa m̀gbè ọ ga-abịa, gbadata n’ime mmiri ka m dotu gị. Nke a negosipụta nchegharị. Ma m̀gbè Mezaịa ga-abịa, ọ gagbaghara unu mmehie unu.


Jọn ị gedotu mụ na mmiri?
Ọ ga-akara mụ mma ma i dotu mụ na mmiri n’ihi na ịbụ nwoke eziomume na eziokwu.
Jọn a ga m emezurịrị iwu Chukwu nile. A ga m emekwa ka nNna m nyere ndị ya iwu.









Matiu 3:13-17; Luk 3:21-22



Ọ bụ gị bụ Mezaịa! A gara m ama.


Nke a bụ nwa m nwoke m hụrụ n’ánya, onye ihe ya masịrị m nke ukwuu.
Nke a bụ ya, nwatụrụ Chineke nke gewepu mmehie nile nke ụwa




Luk 3:22; Jon 1:29-34; 1 Jon 2:1-2


Ǹgbè oge ya ruru, nke mbụ bụ na ọ ga-agafe ule dịrị ya.
Kedụ ebe ọ na-aga? Ọ bụ na ọ naghị eje ịgbapụta obodo ányị̄?
Kedu ule ọ bụ?
Nke ahụ Adam na ndị ụmụ ụmụ ya nile dara. Ọ gejekwuru ekwensu.


Chukwunna gwara nwa ya nwoke bu Jizọs ka o buru ọnu ogu ụbọchị abụọ. Ọ dighị udị nri ọ bụla o riri. M̀gbè ike bidoro ịgwụ ya, ekwensu gbalịrị ime ka o kweta inupuru nna ya isi na ibelata agụụ ya.
Nwoke mbụ ahụ bụ Adam nupuru Chineke isi ma tufuo ọkwa ya. Jizọs dịrị adị dịka Chineke site na m̀gbè ebighiebi, kama ugbu a ọ bịara ka madụ nke nwere anụ arụ. Ọ ga-agabiga ule nke ọnwụnwa ebe ndị ọzọ nile dara?

N’ogwugwu  ogu ụbọchị abuo ahu ka o nebu onụ, aguu na ike ogwugwu dakwasara Jizọs. Ǹgbè ahụ ka ọ ghọtara otu ọ n’adi ịbụ ogbenye,ịnọ n’aguu ruo m̀gbè arụ gị bidoro n’eri onwe ya. Ugbua ka ọ ghọtara ihe ọ bụ ịnọ nanị ya, dịka onye ahapụrụ ahapụ, n’ime ọrịa nakwa adịghị ike.



Ruo ọtụtụ ụbọchị, ekwensu ji obi abụọ na ụjọ wakpọrọ uche Jizọs. Ebe ọ matara na ọnwụnwa ahụ fọrọ nke nta ka ọ gachaa, nakwa na Jizọs nọ n’oge ike na-adịghịkwa ya ma ncha, Ekwensu mere ihe n’ọdịkarịghị eme; o mere ka ọ pụta ihe n’ihu Jizọs.




Matiu 4:1-3; Luk 4:1-3;
Ndị Rom 3:23, 5:12-21; Ndị Hibru 4:15


Ekwensu nwara madụ nke mbụ ọnwụnwa we mee ka o rie ihe ọ nekwesịghị. Ọ nọ kwa na-achọ ime nwa-nke-madụ otu ihe ahụ, maka na ọ hụrụ na agụụ na ike ọgwụgwụ dị ya.
N'ezie nke ahụ bụ ọnwụnwa dị ukwu nyere nwoke neribeghi nri kam̀gbè ogu-ụbọchị-abụọ.



Were, i nwere ike ịgbanwe nkume a ka ọ ghọọrọ gị achịcha nke i geji menyụọ agụụ gị.


Mba, agaghị m eme ya n’ihi na Akwụkwọ Nsọ sị ọ bụghị nanị achịcha ka madụ geji dị ndụ, kama ọ bụ okwu nile nke Chineke nekwu.
Ọ bụrụ otu ahụ soro m ka m kpọrọ gị jee ebe i geme ihe Chineke kwuru.


Ọ buru na i si n’ebe a mapụ ma ndị mmozi bịa ghọta gị, madụ nile ga-ahụ ya ma nabata kwa gị di ka Mezaịa, amakwaram n’ọ bụ ihe i kwere bịa.
Akwụkwọ Nsọ kwukwara sị na gị a nwala onye nwe gị Chineke ọnwụnwa.
Ị kpọrọ Akwụkwọ Nsọ aha, mana Akwụkwọ Nsọ kwuru na ndị mmozi geji aka ha ghọrọ gị ma mee ka i ghara ikpọ ukwu na nkume. Ugbu a bụ oge i geji gosi ndị madụ ike gị.


A ma m na ị hụrụ ụwa n’ányá, ma ị bịara ịzọpụta ya. A ga m egosi gị ihe m chere gamasị gị.

Matiu 4:3-7



N’ebe a ugbu a, ányī ga-ahụtali ọtụtụ alaeze nke ụwa ndị nọ n’isi ọchịchị. Ọ bụ na ọdịghị ebube na mma? Kam̀gbè ahụ Adam gbanyere iwu gị azụ ọ bụ mụ nwe ụwa nile. Ụmụ madụ nenye m ya kwa m̀gbè kwa m̀gbè. Ha dum bụ nke m. A bụ m Chukwu nke ụwa a, ọbụghi gị. Mana a ga m enye gị ha nile...ma i mere m otu ihe. Ọ bụrụ na ị gesekpuru ala, otu m̀gbè a, fee mụ, a ga m enyefe gị njikwa nke ụwa a. I gewereli ya na madụ nile nọ n’ime ya. Kedụ ihe i kwuru?


Akwụkwọ Nsọ kwuru sị na, “I gefe Jehova Chineke gị ma jeere nani ya ozi.” Ị daala; ugbu a si ebe a pụọ.
Ekwensu wee si n’iru Kraịst gbaa ọsọ. Na nke mbụ ya n’akụ̀kọ́ ihe mere eme nke madụ, ekwensu zutere otu nwoke o na-apughi ighogbu. Jizọs gafere ule ya ahu. Uwa wee nwere otu madụ nke doro onwe ya kpam kpam n’okpuru Chineke.

Ọnwụnwa ogu-ụbọchị-abụọ a gaala mana ike gwụrụ Jizọs nke ọ na-enweghi ike i ganiiru.



Ndị mmozi bịara wetere ya ihe oriri na mmiri ọn̄ụn̄ụ. M̀gbè ahụ ya siri ike, o wee laghachi n’ebe Jọn nọ na-agbasa ozi-ọma.




Matiu 4:8-11; Luk 4:14



ISI 9

# OZI NDỊ MBỤ


Lee! Nwa atụrụ Chineke na-abịa nke gekpopu mmehie ụwa nile.
Nke a bụ Mezaịa!
Onye ahụ ndị amụma kwuru maka ya.
Kedụ ihe ọ geme?


Mana a gaghị m ahapụli gị Nnam ukwu.
Soro nu Jizọs.
A bụghị m nna gị ukwu, a ga m na-ada ruo m̀gbè o nenweghi kwa ihe mbụ, mana ọ ga neto ruo m̀gbè ọ ga-abụ ihe nile. Ọ bụ Mezaịa n’ezie, Onye Nzọpụta nke ụwa. Soro ya.


Nna-ányị̄-ukwu, ányị̄ chọrọ i so gị ma bụrụ kwa ndị ọrụ gị. Kedụ ebe i bi?
Bịa nụ hụrụ.


Filip soro m.
E, Nna-ányị-ukwu, ányị echerewo gị ogologo oge. Mana ka m je kpọọ Natanel.
Ya onwe ya é nubewo isi n’iwu Chukwu ma cherekwa Onye Nzọpụta.




Jon 1:35-39, 43-45, 3:30-31


Natanel kedụ ebe ị nọ?
A nọ m n’ebe nwanne m nwoke.
Natanel ányị a chọtawo onye ahụ, nke Mozis na ndị amụma dere maka ya. Jizọs onye Nazaret, nwa Meri.


Onye nzọpụta? Ị gwawo ya okwu? Mana Nazaret? Ọdịghi ezigbo ihe nesi na Nazaret pụta. Kedụ otu Mezaịa si bụrụ onye ala ndị-ogbenye ahụ nke ndị-amamihe kọrọ juputara? É kwesịrị ịmụ ya na Betlehem nke Judia.
Bịa ka i jiri ányá gị hụrụ. Jọn n'onwe ya gbara ya aka ebe, Andru so kwa ya.


N’ezie nke a bụ onye Izrel nwere obi ọcha.
Filip, o nwere ihe ị gwara ya gbasara m?
Ọ dịghị ihe ọ bụ.



Ị maghị onye m bụ. Kedu ka i gesi kwuo na mụ nwere obi ọcha?
Tupu Philip a kpọọ gị ka ị nọ n’okpuru osisi fig, a hụrụ m gị ebe ahụ.
Kedụ ka i si hụ m? Ọ dịghị onye maara ebe m nọ.


Ị bụkwa Ọpara Nke Chineke na Eze nke Izrel.
Nke a ọ masịrị gị? Ị ga-ahu ihe-ịribama karịrị ya. Ị ga-ahụ ka eluigwe mehere na ebe ndị mmọzi na-agbago na-agbadata n’elu isi m. Bịa, ihe ányị̄ nwere ime dị ukwu.

Jọn 1:45-51


Andru kwa jere ịchọ nwanne ya ka ọ gwa ya maka Jizọs.
Simọn, ányị̄ achọtawo Mezaịa nke Jọn nekwu maka ya.
Bịa ka i lee?
Ole m̀gbè? N’ebee? Kedụ otu ọ dị? É nwere ndị ọzọ neso ya?


Ị bụ Sịmọn nwa nke Jona mana aha gị ga-abụ Pita.
Aga m eji ụgbọ m wee nyefee n’aka ezinụlọ m ka m wee soro gị.


Ṁgbè nadịghị ányá, Jizọs họpụtara ndị ikom iri na abuọ ndị neso ya ma naanụ nkuzi ya. A gemecha kpọo ha ndị-neso-ụzọ-Ya iri na abụọ. Ha nọ neje n’obodo dị iche iche wee nagbasa ozi-ọma alaeze.


Jizọs na ndị-neso-ụzọ-ya jere n’Ụlo Nsọ ikpe ekpere ma hụkwa na ndị madụ juru ebeahụ nere ihe dị iche iche.
Kedụ ihe m gekwere gbanwe ego m tupu m nye ya n’onyinye? Ọ dịka unu a nerite ya uru.
Ndị ṅchụ́-àjà a rụrụ arụ. Ị mana ha neri uru site n’ihe obula e rere n’Ụlo Nsọ.
Ndị ṅchụ́-àjà sị na ọ di mma.
Mak 3:16; Jon 1:40-42, 2:12-14


Kedụ ihe ọ neme? O guzoro n’otu ebe ahụ ihe fọrọ nke nta ka ọ bụrụ otu awa, nekwughị ihe ọ bụla, nanị na-akpa eriri ahụ ka ọ ghọọ ihe.
Ányị̄ eritewo ezigbote uru tata. Nke a ka mma karia ịrụ ọrụ.


Ụtarị  Ọ na-arụ ụtarị!


Ụlọ Ṅna m kwesịrị ị bụ ụlọ ekpere, mana unu emela ya ụlọ-ndị-ohi. Bushianụ ihe ndị a. Ugbu a!
Ụlọ Nna ya? Onye ka o che na ọ bụ? Mezaịa?




Jọn 2:15-16



SNAP!
Unu bụ ụmụ-ogbo agwọ ọjọọ. Unu na-achọ ka agụrụ gbuo ụmụ nwányị̄ isi mkpe.
Kedụ onye o che na ọ bụ?
Ohhh!

Matiu 6:5-7, 12:34;
Jọn 2:15-16; 1 Timoti 6:10




Ìmgbè ọzọ unu ga-abịa n'ulo nna m, ka ọ bụrụ maka i kwuputa mmehie unu.


I chetere ebe ahụ n’Akwụkwọ Nsọ Devid kwuru maka Mezaịa?
Ị ma na ndị-ode-akwụkwọ na-akuzi na m̀gbè Mezaịa ga-abịa, ọ ga-abịakwa n’ỤlọNsọ ya na mberede.
E, “Ekworo nke Ụlọ Chineke geripịam, n’ihi na ndị-iro Chineke echezowo okwu Chineke.”


É were m ya n'ịbu Jizọs nke Nazaret onye Jọn nekwu maka ya. I kpatawo oke nsogbu ta. Kedụ ihe-iribama i gegosi ányị̄?
Ihe àmà negosi na mụ onwe m bụ Mezaịa ahụ ka a ga-ahụ m̀gbè unu gebibi Ụlọ Nsọ a. N'ime ụbọchị atọ, m gewulitekwa ya.





Abụ Ọma 69:9, 119:139; Jọn 2:17-22


Jizọs na ndị-neso-ụzọ-ya hapụrụ Jeruselem wee gbago ugwu Nazaret, ebe ụlọ obibi Jizọs.
O, Jizọs, ị batawo? Kpọta ndị enyi gị nile ka ányị̄ kwadoro unu ihe oriri.
Nne m, ányị̄ agaghị anote aka nanị obere oge n’ụbọchị ezumike




Sabat bụ ụbọchị ezumike nke okpukperechi kwa izu nke Chineke hibere n’ụbọchị nke asaa ma chie ya echichi dịka otu n’ime iwu iri nke ndị Ju.

Jizọs tapere onye amụma Aịzaịa n’Akwụkwọ Nsọ wee chọta amụma nke ama ama gbasara Mezaịa.





Taata, amụma a emezuwo.


NKWULU!
Nwa nwoke ọ̄kwá-ṅkà ka ị bụ.
Unu dị nnọọ nwayọ, ányị̄ na-apụ.
Were nkume tigbuo ya. Ọ na-azọrọ na ya bụ Mezaịa!

Jizọs na ndị-neso-ụzọ-ya biarutere kapanịọm, bụ nke di n’akụkụ ọtụtụ odo mmiri ebe ụfọdụ ndị-neso-ụzọ-ya bi. Ọzọ, ha wee baa n’ime ụlọ-nzụkọ-ha.




Ma onye amụma ahụ kwuru na Mezaịa ahụ ga-abụ ìhè nye mba ọzọ, ọ bụkwa na ya ka ha ga-atụkwasị obi. Onye ihe nagara nke ọma bụ nwoke ahụ nke dị ọcha n’ime obi ya n’ihi na ọ ga-ahụ Chineke. Chineke adịghị ajụ onye ọbụla ga-abịakwute ya, ma-ọbụ onye Ju ma-ọbụ onye mba ọzọ.
*Onye Nsọ nke Chineke! Hapu ányị̄ aka.*


A maara m onye ị bụ. Ị bụ Onye Nsọ nke Chineke.
Ekwensu nọ ya n’ime. Kpọpụ ya n’ebe a.


Ị bịara ibibi ányị̄ bụ ajọ-mmụọ tupu oge ányị̄ é ruo? Hapụ ányị̄ aka kedụ ihe jikọrọ ányị̄ na gị?
Onye kwere ka nwoke a bata ebe a? Zeere onwe gị! Ka ọ ghara ịmerụ gị arụ.


Ụmụ ajọ-mmụọ,
Ana m enye unu iwu; si nu n’arụ nwoke a pụọ ma unu enyezila ya mmekpa-ahụ ọzọ!

Luk 4:28-35


Laa nụ!
Eeaahhh!


Kedụ ihe I mere ya?
Ọ nwụrụ anwụ?


Ozugbo, o wee bilie kwụrụ ọtọ.
Ekele dịrị Chineke!
Ụmụ ajọ mmụọ ahụ apụọla. A tọghapuwo gị. Ugbu a gawara onwe gị ma emezila mmehie.
Jizọs nwere ike nile megide ekwensu. Isi adiwo nwoke a mma.


Ányị ga-abịa.
Peter, nwunye gị sị ka ị lọta. Nne ya na-arịa oria oke-oyi-ọmụma.


Peter ezi di m, egwu na-atụm. Oyi-ọmụma nke a dịkwa njọ.
Egwu atụla gị. Nna m ukwu nọ ebe a.


Bilite nwányị̄ ọma, ọrịa gị alawo.

Mak 1:25-30;
Luk 4:35-38




Akụ̀kọ́maka ike Jizọs n’igwọ-ọrịa gbasasịrị ebe nile. Ha wee kpọtara Jizọs ọtụtụ ndị na-arịa ọria.
Nna ányị̄ ukwu, nna m kpọnwụrụ akpọnwụ kem̀gbè m bụ nwata. Osisi dara ya wee kujie ya azụ. Biko ọ bụrụ na o nwere ihe i gemeli, nyere ányị̄ aka.
Bilite gaa ije!


Otuto dịrị Chineke!




Mak 1:30-34;
Luk 4:38-40


Dịka Akwụkwọ Nsọ siri kwuo,”Ndị kpuru isi ga-ahụ ụzọ.” nwa gị nwányị̄ na-ahụ ụzọ.


Nna m, ọ bụ gị?


Oh papa, amabughị m ihe i yiri, mana ị mara mma karịa otu m chere.


Jizọs na ndị-neso-ụzọ-ya we jee Jeruselem m̀gbè mmemme ahụ, wee na-akuzi nkuzi n'Ụlo Nsọ.
Madụ bụọ gị ọnụ, é mela ka o mere. Kama kpee ekpere ka ngọzị bịakwasị ha. Meere ndị madụ ihe i ga-achọ ka ha meere gi ma ọ bụrụ na ị nọ n'ọnọdụ ha.
Madụ mehie gị, gbaghara ha. I genwe ngọzị ma obi gị dị ọcha, n'ihi na ị ga-ahụ Chineke. Ị bụrụ ome-udo ngọzi gị ga-akarịcha.



Unu anụwo na ndị m̀gbè ochie kwuru sị na gị hụ ndị enyi gị n'ányá ma debe ndị iro gi n'iro. Mana a na m ekwu si, na gị hụ ndị iro gi n'ányá ma meere ha ihe ọma.
Kedụ kwanụ maka iwu, ányá laara ányá na eze laara eze?


Ọ bụrụ na madụ etie gị aka n'otu ntị, tụgharịa gosi ya ntị nke ọzọ ka o wee tie ya aka. É mela ihe ike.Ị hụ na agbata obi gị enweghi uwe mkpuchi, ma gị nwee abụọ, were otu n'ime ha nye ya. Ọ bụrụ na agụụ na-agụ ya, nye ya nri. Nna gị bi n'eluigwe ga kwa ahụ ya ma gozie gị.




Matiu 5:8, 21-22, 38-44, 6:12; Mak 1:34; Luk 4:40


Unu anuwo ka é kwuru sị na madụ akwala iko, mana a na m asị unu na i mee ihe dịka ile nwányị̄ oke ányá i so ya, ị kwasowo ya iko n’obi-gị m̀gbè ahụ.



Ndị isi okpukperechi unu na-adi mma na mpụta ha mana ime ha jupụtara n’ajọ-omume.
Ha dịka ili é tere agba ọcha. Na mpụta ha dị mma n’ányá , mana n’ime ha jupụtara n’ọkpụkpụ ndị nwụrụ anwụ. Ọ bụrụ na ezi-omume gị akarịghị nke ha, ị gaghị a bata n’alaeze m.


É nwere ụzọ sara mbara nke nedu eje mbibi mana ọtụtụ madụ, n’enweghi ọgụ, nọ n’ụzọ ahụ.
A bụ m ọnụ-ụzọ nke eluigwe. I si na mụ baa, i genwe ndụ ebighebi. I mee ka i si ụzọ ọzọ, ị ga-anwụ na mmehie gị.


Kedụ ihe mere i ji agwọ ọrịa n’ụbọchị Sabat? Iwu Mozis sị ányị̄ arụla ọrụ n’ụbọchị Sabat.
Nna m dunyere m n’ụwa ịrụ ọrụ ya. Nanị ihe ọ sị mụ mee ka m na-eme.
I na-eme ka gị na Chukwu hara. Nke ahụ bụ nkwulu nke kwesịrị ọnwụ!


Ọ bụ ihe mmasị nyere Chineke na madụ nile geefe ma sọpụrụ kwa nwa ya dịka ha n’emere Chineke Nna.
Oge n’abịa m̀gbè ndị nọ n’ili ga-anụ olu m ma bilie n’ọnwụ. Ụfọdụ ga-aba ndụ ebighebi ndị ọzọ a baa mbibi ebighiebi.



Matiu 5:27-28, 7:13-14, 28-29, 23:27-28: Jon 5:18-19.23.29-30.14:6




*onye so n'otu ndị ju oge ochie njirimara ha bu irube isi kpam kpam n'ọdịnala ndị ju.


Nna ányị ukwu, ányị bụ ndị isi ndị Ju maara na ị bu onye nkuzi nke si na Chineke wee bịa. N’ihi na ọ dịghị onye ga-arụ orụebube nke ị na-arụ ma Chineke anonyereghị ya.
Nanị ma a mụo gị ọzọ ka i geji hụ Alaeze Chineke.


I nekwu sị na mụ ga-aba n’ime afọ nne m ewee mụọ m ọzọ?
Mba. Anụ arụ na-amụta anụ arụ mana mmụọ na-amụta mmụọ. Nikọdemọs nụrụ ka m na-agwa gị, Ị ga-abụ onye amụrụ ọzọ.
Kedụ ka o si eme?


Ọmụmụ nke mmụọ m nekwu maka ya dị omịmị dịka ifufe na anaghị ahụ ányá mana ányị̄ na-ahụ ihe ọ neme. I genwe ọmụmụ ime mmụọ nke si n’eluigwe ma ọ bụrụ na ị ga-aba Alaeze Chineke.
Dịka Mozis siri bulie agwọ ahụ n’ime ọzara, otu ahụ ka a gesi bulie m elu.
Ọnụ Ọgụgụ 21:5-9; Jọn 3:1-14


Ma ha nọ na-anwụ site n’ata agwọ ahụ n’ihi mmehie ha mehiere megịde Chineke. Ṁgbè ha lere agwọ ọla ahụ ányá, ọ gwọọ ha ozugbo.


INRI
É, ma ugbu a madụ nile n’anwụ, site na ata-agwọ nke mmehie. Ma n’oge a, a gebuli m elu ka madụ nile hụ m. Dịka ndị ahụ agwọ tara n’ọzara siri nwe nzọpụta site nibuli ányá ha elu wee legịde agwọ ọla Mozis, ndị mmehie tara genwe nzọpụta ma ha nwe okwukwe n’ime m.


N’ihi na Chineke hụrụ ụwa n’ányá, otu a, na o nyere ọbụna ọkpara ọ mụrụ nanị ya, ka onye ọ bụla nke kwere na ya we ghara ila n’iyi, kama ka o nwe ndụ ebighi-ebi. Onye kwere na mụ nwere ndụ ebighi-ebi, mana onye nekweghi na mụ, bụ kwa onye ekpere ikpe ọnwụ.

Jon 3:14-18


Ya bụ na ihe I nekwu bụ sị ọmụmụ-ọhụrụ bu nanị mgbọrọgwụ nke mmehie, ma kwa na a gebuli gị n'osisi ka ụwa nile nwete mgbapụta.
Kedụ m̀gbè ọmụmụ-ọhụrụ a ga-eme?
M̀gbè é buliri m ka madụ nile hụ m.


Ndị Sameria bi n’etiti Jeruselem na Galili. Ndị Ju nezere ha ezere nke mere na ha anaghị agafe n’etiti obodo ha. Nke a bụ maka na ha kweere na ndị Sameria merụrụ emerụ n’ime mmụọ. Otu ụbọchị Jizọs mere ihe ndị-neso-ụzọ-ya na-atụghị ányá. Ọ siri ha:
Bịanụ, á ga m esi n’etiti Sameria gafee.
Ọ bụ uche Nna m na m geje Sameria.
Onye-nwe-ányị̄, ha bụ ndị na-amaghị ihe na-adịghị ọcha! Ha bụ ndị ogbenye na ndị na-eme omume rụrụ arụ.


N’ihe dịka etiti ehihie, ha rutere n’otu olulu mmiri dị na mpụga obodo ahụ.
Ị ga-anọ nanị gị?
Unu jenu gote erimeri n’ime obodo ka m chere unu n’ebe olulu mmiri a.
É, a ga m arụ ọrụ nna m.


Ike gwụrụ Jizọs, agụụ mmiri na erimeri na-agụ ya. Agbanyeghi na oge erubeghi m̀gbè ụmụ nwányī na-abịa n'olulu mmiri ahụ, otu nwányī Sameria bịara isere mmiri.
Jọn 4:1-8


I nwere ike inye mụ mmiri nọ n’ite gị ka m nụọ?
Ha! Kedụ ka nwoke Ju geji na-ayọ nwányị̄ Sameria mmiri ọnụnụ? É che m na unu bu ndị Ju nezere ányị̄ ezere?
Ọ bụrụ na ị mara onyinye nke Chineke na onye m bụ, ị gara asị mụ nye gị mmiri nke ndụ.


I nenye mụ mmiri m̀gbè i nenweghi ihe i ji esepụta ya? Olulu mmiri a miri-emi. Kedụ ebe i gesi nwete mmiri nke ndụ a nke i nekwu okwu ya?
M̀gbè i nụsịrị mmiri si n'olulu-mmiri a, mmiri ga-agụkwa gị m̀gbè ọzọ. Mmiri nke a m chọrọ i nye gị ga-anọ n'ime mkpụrụ obi gị dịka isi-iyi nke ndụ ebighiebi.
Ngwanụ, nyem mmiri-nke-ndụ ahụ ka m n̄ụọ otu ọwụ agụụ mmiri agaghị agụ m ọzọ.


Jee kpọọ di gị ka m gwa unu maka mmiri a.
Enweghị m di.
I nweela di ise, mana nwoke nke gị na ya bi ugbu a abụghị di gị.


N’ezie ị bụ kwa onye amụma. Ọ bụ ya mere i ji mara mmehie m mere na nzuzo.
Unu bu ndị Ju n’efe Chukwu na Jeruselem mana nnanna ányī ha, fere Chukwu n’elu ugwu a. Kedụ ugwu bu nke kwesịrị ije fee Chukwu?


Chukwu bụ mmụọ, a naghị efe ya n'ụlọ-ekpere nke é ji aka wee mee. Chukwu na-achọ ndị genwe okwukwe n'eziokwu ma fekwa ya n'ime mmụọ.
Ányị̄ mara na Mezaịa n'abịa mana m̀gbè ọ ga-abịa, ọ ga-agwa ányị̄ nke bu eziokwu.


Ọ bụ gị na Mezaịa nekwu okwu.




Jizọs nọrọ ụbọchị abụọ na Sameria wee na-akuziri ha okwu nke Chineke.

Jọn 4:7-29


Otu m̀gbè, Jizọs na ndị-neso-uzo-ya kwụrụ n'akụkụ ugwu nke nelefe ányá n'odo mmiri Galili.
M̀gbè i nenye ndị ogbenye ego, émela ya n'ebe ọha dum ga-ahụ gị.
M̀gbè i neme ihe okpukperechi gị ka ndị madụ too gị ma hụ gị ka onyeoma, Chineke bi n'eluigwe agaghị enye gị ụgwọ ọrụ. Ya mere é kwela ka aka nri gị mara ihe aka ịkpa gị neme.
Ihe karịrị puku madụ si n'ime obodo wee pụta ị bịa nụrụ nkuzi ya.


Ma m̀gbè i nekpe ekpere é kwughari̩ kwala mkpa gi̩ ugboro ugboro, di̩ka ndi̩ isi okpukperechi unu neme. Maka na ha neguzo n’ebe o̩ha madu̩ no wee negosi madu̩ nile ka ha si ekpe.
M̀gbè i nekpe ekpere, adi̩kwala ka ndi̩ okpukperechi ire abu̩o̩ ndi̩ nekpe ekpere ebe o̩ha ga-ahu̩ ha.


Ejikwala ike gị nile na oge gị nile wee na-achọ inwete ego. Ndị nwere ego nwere nsogbu karịsịa madụ nile, ma ha hụrụ ego ha n'ányá nke ukwuu nke mere o geji raa ahụ ha iba eluigwe.
A chịkọta kwala akụ n'ụba n'ime ụwa mana chịkọta ya n'eluigwe ebe ọ ga-anọ ebighiebi. Ị gaghị a nejere nna ukwu abụọ ozi n'otu m̀gbè, Chineke ya na Akụ nke ụwa. I gemecha kpọọ otu n'ime ha asị ma hụ nke ọzọ n'ányá.


Nna-ányị̄-ukwu, oge agaala ma ndị madụ nọ ebe a keǹgbè ụtụtụ. Agụrụ ga na-agụ ha, tinyere na ime obodo tere aka ije gote nri.
Sị ha laa ugbu a ka ha je gote nri.


Nna-ányị̄-ukwu, lee nri ehihie m were. Nne m tinyere m achịcha ise na obere azụ abụọ.




Matiu 6:1-7, 19-21, 14:15


Ka m hụ. O dịka ányị̄ geeri azụ na achịcha.
Je gbaziri nkata iri-na-abụọ sara asa ma kwadonụ ike nri.
Mana Nna-ányị̄-ukwu, nri nke a agaghị eju otu nwoke afọ ma ya fọduzie umu nwoke puku ise.


Ekele diri gị Onyenweányị̄ Chineke, Eze ụwa nile nke n'ewepụta achịcha site n'aja.



Kedụ ihe ọ na-anwụnye obere nri ahu n’ime nnukwu nkata ahụ?




Matiu 14:19-21; Luk 9:16-17


Otuto dịrị Chineke!
O si n’eluigwe we nye ányị̄ achịcha dịka Mozis.
Nne m agaghị ekwete nke a!


Ka ndị madụ nọ newere achịcha na azụ site na nkata ahụ, nri ahụ anọrọ nejupụta ọzọ.


Nna-ányị-ukwu madụ nile erijuwo afọ mana nkata ahụ nile ka juru eju. Ányị enweghị ike ịwụpụ ya!
Kpokọtanụ ihe fọdụrụnu. Unu mesịa, baa nụ ụgbọ jee n’akụkụ ọzọ nke odo mmiri a. A ga m ahụ unu m̀gbè ọzọ. Ka m jee n’ime ugwu je kpe ekpere.


Jizọs nanị ya gbagoro ugwu ije kpe ekpere ma ndị-neso-uzo-ya bara n’ụgbọ jebe n’akụkụ ọzọ nke odo mmiri ahụ.
Ṁgbè nile, Jizọs neje nanị ya n’ime ọzara ikpe ekpere,
Matiu 14:20-23


Ǹgbè ndị-neso-ụzọ-ya ruru n'etiti odo mmiri ahụ, oke ifufe kuliri na mmiri ahụ. Ụjọ bịara ha n'ihi na ha nọ n'emi.
Ahụtụbeghi m ifufe si otu a joo njọ.
Ányị̄ agaghị anagịdeli karịa nke a.


Ọ bụkwa omimi ka ányị̄ nemi!
Lee ányá! Ọ di ihe no n’elu mmiri ebe ahụ!


Ọ bụ kwa nụ onye mmụọ!
Ọ bụ onye mmụọ!
Ọ bụ madụ na-aga ije n’elu mmiri!


Pita, ọ bụ mụ. Egwu atụla unu.
Onyenweányị̄, ọ bụrụ n'ọbụ gị, kwe ka m bịakute gị site n'ije-ije n'elu mmiri dịka i si eje.
Bịakute m Pita.
Matiu 14:24-29


Onyenweányị̄, a na m abịa.
Pita, mba!


N’ezie Pita bidoro jewe ije n’elu mmiri nejekuru Jizọs.

Ṁgbè Pita wepụrụ ányá n’ebe Jizọs nọ ma legịde ányá n’ifufe mmiri ahụ, ujọ bịara ya.






Matiu 14:29-30


Pita i bidoro nwewe obi abụọ n’ebe m nọ.


Jizọs kpọghachiri Pita n'ụgbọ. Ha abuo jeere ije n'elu mmiri we ruo.
Pita, i jere ije n'elu mmiri!


Udo, nọrọ jii!
Jizos wee baara ifufe mmiri ahụ mba. Na mberede ebe nile dara jụụ.
Matiu 14:31-33; Mak 4:38-41


Abịala mụ nso Onyenwem na a bụ m onye mmehie.
N'ezie ị bụ Ọkpara Chineke.
Onyenwem na Chineke m.
Onye étere mmanụ nke Izrel.


Ṁgbè e mesịrị...
Ụbọchị emume ndịa nekwo ekwo. Ndị madụ si na akụkụ dị iche iche n’obodo ọbụla we bịa. Ụfọdụ si n’ebe tere aka dịka Rom na Ijipt.
Ka ányī ga n’akụkụ odo mmiri.


Ọ nọọla ebe a ogologo oge dịka m siri chete.


Ọ ga-amasị gị inwere onwe gị?
É nweghị m onye enyemaka.


Bilie, buru àkwà gị jewe ije.
Ọkwa gị bụdị Jizọs? Anuwo m maka ọrụebube gị.

Jọn 5:1-8


Nke a bụ njakịrị obi ọjọọ. Ogbenye-nwoke a dị na ngwọrọ kemgbè afọ iri-atọ-na-asatọ.
Nke a bụ Sabat dị Nsọ ányī. Ọ bụghị ọrụ ya ikpaghasi udo.


A nụrụ m na é nwere ọgbakọ nke na-achọ iwepu ya. Ọtụtụ ndị madụ amarala ya.
Onye ka Jizọs a che na ọ bụ? Mezaịa?
E, o mewo ka ndị madụ kwete na ọ na-arụ ọrụebube.


Ụkwụ ya! Ha na-etopụta!



Ọ nebili ọtọ!
O nweghi ike ime!


Otutu dịrị Chineke. Ka afọ nile gasịrị, nwoke a mechara jee ije!
Jizọs bụ Mezaịa!


Gịnị mere i ji agwọ ọrịa n’ụbọchị Sabat?
Mozis nyere ányị̄ iwu ezumike n’ụbọchị Sabat.
I kwere idọpụta ehi gị nke dabara n’olulu n’ụbọchị Sabat. Anam emebi iwu maka na m gwọrọ madụ ọrịa n’ụbọchị Sabat?
Nnam na-arụ ọrụ na Sabat. Ihe m hụrụ ka ọ neme ka m neme.
Luk 14:5-6; Jon 5:9-17


Ọ sị na Chukwu bụ Nna ya. Ọ neme ka ya na Chukwu hara.
Jide ya! É kwesịrị iji nkume tigbuo ya.
Gbuo ya!


Unu gegbu nwoke a maka na ọ gwọrọ madụ oria n’ụbọchị Sabat?
O kwuru okwu megịde iwu ányị̄.
Gee ntị n’ihe o nwere ikwu.
Ọ dịghị ihe o kwuru megịde iwu unu.


Nụrụnụ olu m. O juru unu ányá na m rụrụ otu ọrụebube nke a. Unu ga-ahụ ọtụtụ ọrụebube nke karịrị nke a. Dịka Nna m neme ndị nwụrụ anwụ ka ha bilie n’ọnwụ, o nyewo m otu ikike ahụ. Nna m enyewo m ikike kachasị elu n’ụwa.
Ma unu asọpụrụghi m, unu mara na unu adịghị kwa asọpụrụ Chukwu. N’ezie a gwa m unu, onye kwere na mụ kwekwara na onye zitere m, ọ genwekwa ndụ ebighiebi.
Kedụ ka i si enye ndụ ebighiebi?


Oge n'abịa m̀gbè ndị nwụrụ anwụ ga-anụ olu m we si n'ili ha pụta. Ndị ọ bụla n'ime ha mere eziomume gebili nwere ndụ ebighiebi ma ndị ha mere ajọ-omume ka a ga-atụba n'ime ọnwụ-ebighiebi n'ọkụ ala mmụọ.
Nke ahụ bụ nkwulu. Ọ dighị madụ gemeli ka onye nwụrụ anwụ bilite n'ọnwụ. Sọọsọ Chineke nenye ndụ ebighiebi.
Jọn 5:18-29


Unu ekwetaghị m, ma Jọn buru amụma gbasara ọbịbịa m tinyekwara Akwụkwọ Nsọ. Nyochanụ Akwụkwọ Nsọ n'ihi na ọtụtụ amụma kwuru ihe gbasara m.
Echela na m gebo unu ebubo n'ihu Chineke. Ọ bụ Iwu Mozis nke unu mebiri gekwu okwu megide unu.
Onye a ọ bu onye ha sị na ha chọrọ igbu, ma ọ nekwu okwu n'atụghị egwu, ma ha emeghi ihe ọbụla. Ndị ọchịchị ha mara na onye a bụ Kraịst n'ezie, Mezaịa ụmụ Izrel?
Ndị odee akwụkwọ nekwu sị na ányī agaghị ama ebe Kraịst gesi abịa. Mana ányī maara na onye a bụ ọpara ọ̄kwá-nkà nke si n'obodo Galilee.


Unu sịrị na unu maara m mara kwa ebe m si bịa. Mana ejighi m aka m bịa n’ụwa; ọ bụ Nna m zitere m. Mana unu amaghị Nna m; mana a ma m ya. Ọ bụ kwa ya zitela m unu.
Kedụ ka o si nụ m?


Ọ maara ihe nile.
**Nke a bụ Mezaịa é buru amụma na ọ ga-abịa!**
Ị na-atụ ányá na Mezaịa ga-arụ ọrụebube karịa nke nwoke a na-arụ?




Jọn 5:30-39,45,6:42-43,7:25-32,40-41


Ngọzị nadịrị ndị eziomume na-agụ ka mmiri,maka na afọ geju ha.
Onye akpịrị na-akpọ nkụ bịa ka m nye ya ihe ọñụñụ. Mụọ Nsọ gabụrụ ya olulu mmiri nke ndụ nke na-asụpụta ndụ ebighiebi.
Ngozi nadịrị ndị neme ka madụ na ibe ha dị n'udo, maka na a ga-akpọ ha ụmụ Chineke. Hụ ndị iro gi n'ányá ma gozie ha.
Ọ naghị ekwu okwu dịka onye mmebi iwu.
Ha sị na ọ bụ mmezu amụma puku-afọ-anọ.


Ọ bụ gịnị mere unu akpụtaghi ya ebe a? Ọ kwụ-ọtọ n’ihu unu kpom kwem gịnị mere unu ji hapụ ya?
Ọ dịghị onye nekwu okwu dịka nwoke a.
Ọ nekwu maka ịhụnányá na mgbahara mmehie.
Ha! Ọ ghọgbuo kwala unu? Ọ dị onye ọchịchị mụrụ akwụkwọ ma-ọbụ onye Farisi kwere na ya? Jizọs a kwesịrị ọnwụ.




Matiu 5:6, 9;
Jon 4:14, 7:45-52


Ọ neji ụgha aghọgbu ndị nkịtị.
Ọ dịka o nwere ọsịsa nyere ajụjụ ọ bụla.
Kedụ ihe geme ma ányī zipu otu n’ime ọka-iwu nke nwere amamiihe ka ọ kpafuo ya n’okwu ya?


Ama m otu onye ọka-iwu nke maara ihe ma obi ya tara mmiri.


Onye ọka-iwu ahụ wee bịa ịgba Jizọs aka.
Nna-ányị-ukwu, kedụ ihe m geme kam nwete ndụ ebighiebi?
Kedu ihe é dere n’iwu?
Ọ sị ányị were obi ányị nile, na mkpụrụu obi ányị na ike ányị na uche ányị hụ Onyenweányị n’ánya ma ọ sị kwa ányị hụ ndị agbata obi ányị n’ánya dịka ányị hụrụ onwe ányị.


Ị zawo ajụjụ gị. Ịhunánýá bụ mmezu iwu dum. Ịhụ agbata obi gị n’ánýá dịka i si hụ onwe gị n’ánýá, ndụ gị ga-amasị Chineke.
É, mana kedụ onye bụ agbata obi m? Ị chọrọ ikwu sị madụ nile ma ndị Rom na-amaghị Chineke?
Aga m akọrọ gị akụ̀kọ́.


Otu nwoke nke si na Jeruselem na-aga Jeriko dabara n’aka ndị ohi. Ha tiri ya ihe nara ya ihe nile o nwere ma hapụ ya ka ọ tọgbọrọ dịka onye nwụrụ anwụ.
M̀gbè onye n̄chụ́-àjà hụrụ nwoke ahụ ka o dinara n’ụzọ, o jere ije n’akụkụ ya wee gafee ma ọ kwusịghị we nyere ya aka.

Luk 10: 25-30


N’otu aka ahụ, onye egbo livaị, ndị Chineke họpụtara ka ha neeje ozi n’Ụlo Nsọ, gafetere wee kwụsị nanị ka o leruo ya ányá ma gafee n’enyeghiri ya aka.
Kedụ uru ọ bara ị sị na i nwere ihụnányá m̀gbè ị naghị alụ ọlụ gosiri ya? Ma ị hụghị agbata obi gị n’ányá, ị hughị Chineke n’ányá.


M̀gbè ahụ, onye Sameria gafetere n’ụzọ ahụ; onye ndị Ju kpọrọ asị ma sịkwa na ọdịghị ọcha. M̀gbè ọ hụrụ nwoke ahụ é merụrụ ahụ ka ọ gba ọtọ wee tọgbọrọ n’ụzọ, o leghi ányá na nwoke ahụ bụ onye Ju.
Nwoke Sameria ahụ wee metere ya obi ebere. Ọ kwụsịrị, nyere ya aka.


Nwoke Sameria ahụ hichara ebe o merụrụ ahụ ma keekwa ya ihe. Ịhụnányá a bụghi n’ọnụ, ọ bụ n’omume.


Nwoke Sameria ahụ kusara nwoke ahụ n’elu ịnyịnya-ibu ya ya wee kpọrọ ya jee n’ebe ọ gezu ike ma nwete kwa onwe ya.
Nwayọ nwayọ e kum gị. Ǹgbè na-adịghị ányá Ị gedinara n’elu àkwà.



Aga m akwụ gị ụgwọ izu abụọ maka mkpụrụ ya na erimeri. Kama, nlekọta ya karịa nke a, aga m akwụ gị ya ma m bịa ụzọ a ọzọ.

Luk 10:32-35



Ị jụrụ m onye bụ agbata obi gị. Ma ugbu a gwam onye, n'ime ụmụ nwoke atọ ahụ, nke bụ agbatobi onye etiri ihe?
Ọ bụ nke ahụ nyere ya aka.
Ọ dị egwu!


Ugbu a, jee mee dịka onye Sameritan. Jee hụ agbata obi gị n’ánỵá.


Onye nzuzu! Kpọpụ ya ebe ahụ tupu Jizọs eme ka ọ ghọọ onye-neso-ụzọ-ya.
Kedụ ụdị nkuzi ndị ara dị ihe a? O kweghi omume. Ụfọdụ ndị anaghi anabata ihunánýá.




Matiu 5:43-44;
Luk 10:36-37




ISI 10

# ỌRỤEBUBE NA ILU


N’ebe ọzọ...
Ọtụtụ ụbọchị agaala keṁgbè m rii.
Ị ga-anwụ ma ị mụtaghị otu esi eri oke n’ọchịcha. Ọ bụ otu ahụ ka i gesi dịrị ndụ.
Ọ ga-akara mụ mma ịnwụ. Nanị afọ gara aga ka m bụ nwoke ọha na-akwarenye ugwu. Ugbu a lezie ka m dị.
Ọ dịkwaghị ugwu dịrị gị. Ị bụzi ọnye ekpenta, onye ajụrụ ajụ.


Na mbụ, é nwere m olileányá na ọ ga-adị mụ mma ka m wee laghachiri nwụnye m na ụmụ m. Mana a nọwo m ebe a afọ iri site m̀gbè ahụ.  Ma ahụtụbeghị m ọnye gbakere nụ wee laghachi na be ya.


Na mbụ,nwụnye m ga-akpọta ụmụ m ka ha wee guzo ebe dị ányá na-agwa m okwu, mana ha bidoro na-akwụsị ibịa nwaobere nwaobere. Ụmụ m na eto ugbu a, n’oge na-adịghị ányá, ha agaghị amatakwa onye m bụ ma ha hụ m. Nke a ka njọ karịa ọnwụ.


Ah, kwụsị imetere onwe gị ebere. Ọ dịghị ọnye chọrọ ịma, ọbụladị Chineke. Bịa ka ányị̄ je hụ ma ányị̄ ga-arịọta ihe oriri.


Ányị neje n'okpọrọ ụzọ tata, ile ma ányị geyi ndị madụ ụjọ, ka ha wee mere ányị ebere.
Ka ányị dum sorọ jee ka ányị nwetụkwụo nchebe karịa.


Ana m ahụ ndị
njem na-abịa n’ụzọ a.



Lezie ányá! O bụ ụmụ okorọbịa ahụ ọzọ.
Si nụ ebe a pụọ unu ndị ekpenta rụrụ arụ. Jeenu otu ebe nwụọ.
Unu bu ikpuru rụrụ arụ. Chineke na-ata unu ahụhụ.
Ọsọ! Ọsọ!


Unyi! Unyi! Ányị̄ dum ruru unyi.
Ọ bụ ndị ekpenta. Ekwela ka ha bịa gị nso. Ka ị ghara i nwete ọrịa ha.



I gemere ányị̄ ebere? I genyetụ ányị̄ otu ntabiri?
Nye ha ihe ka ha si ebe a pụọ.
Laghachinụ azu. Unụ ruru unyi!


Laa nụ azụ ka ányī hapụrụ ya unu n’ala.
Abịazila nụ nso. Ka m bụrụ ụzọ pụọ.


Achịcha!
Debere m ụfọdụ!
NRI!
É were kwala ha dum!


Ezi ka ị bụ!
Ọ bụ nkem!
Chineke!
Achịcha! Achịcha!


Ọtụtụ ndị njem nọkọrọ ọnụ n’abịa.
Ányị ga-akpachapụ ányá maka na ha juru eju.
Ma ha nịle bụ ndị ikom.


Onye ahụ bụ Jizọs nke Nazaret. A hụrụ m ya n’otu ugborọ tupu m daa ọrịa. Ọ bụ ya bụ ọnye ahụ na-agwọ ndị madụ ọrịa.
Ọ nekwu na o si na Chụkwu wee bịa. Kwukwa na ya na Nna ányị̄ nke bi n’eluigwe bụ otu. A hụwo m ka ọ gwọrọ ndị isi na ndị ngwọrọ.


Jizọs! Nyere ányị̄ aka!
Nna-ányị̄-ukwu, ha bụ ndị ekpenta.
É kwela ha bịa ányị̄ nso.


Kedu ihe unu chọrọ ka m mee?
Meere ányị̄ ebere gwọọ ányị̄ dum.
Ma ị chọọ, i geme ka anyi dị ọcha.


I kwesighị ịmetụ m aka.
Ọ dị nnọọ mma. Jeenu na ụlọ nsọ gosi onye n̄chụ́-àjà onwe unu. Ọ ga-ahụ na unu adiwo ọcha ma kwe ka unu laghachiri ezinụlọ unu.


Ọ sị na ányị̄ adịwo ọcha.
Ha ga-achụpụ ányị̄ tupu ányị̄ e ruo n’akụkụ ụlọ nsọ.
Aga m eme ka o kwụ̀rụ̀.
Anọnyere m gị

Luk 17:11-14


Jizọs sị na ányī adịwo ọcha.
Ahụ na-adị mụ mma o.



Ányị̄ na-agbanwe!


Anụ arụm adiwo mma!
Jizọs emewo ya! Ọ dịwo gị mma!
Ị jọkwaghị njọ ọzọ!
Ka m je chọọ nwụnye m.


Ị bụ ọnye agọziri agọzi, Ọkpara Chineke, Eze ndị Izrel. I nyeghachiwo m ndụ m. Chukwu dị obi ebere ma nenye amara.
Ọ bụna ọbụghị madụ iri ka asachara? Ma nanị otu n’ime ha laghachiri inye ekele, ma ọ bụdịghị ọnye Ju. Ọ bụ onye Sameria.

Luk 17:14-19


Otu nwoke jụrụ Jizọs ma ọtụtụ madụ ha ga-aba na ndụ ebighịebi. Jizọs we za ya:
Ndụ Ebighịebi
A gwam gị, ụzọ ahụ nke banyere n’ime ndụ ebighịebi rara ahụ ma dịkwa warara. Ọ bụkwa ntakịrị ndị madụ ga-achọta ya. Mana ụzọ ahụ banyere na mmebi sara asa ma jupụta na madụ ndị n’eje n’ụchụ ebighebi.
NIGHT CLUB
CARLOS
Club





Matiu 7: 13-14, 22-23; mkpughe 14:11


Jizọs korọ akụ̂kọ́ ọzọ:
Ọ dị otu nwoke bara ọgarányá. Nke uwe ya bụ uwe kachasị mma ya na erimeri ya. Ọ nekwu eziokwu ma ne bi kwa ndụ ziri ezi mana ọ naghị eche maka ọnye ọzọ, sọnsọ ọnwe ya.
Ọ kpakọtara ego ya ma nenwetekwu akụ n’uba kwizu.



Were ihe ndị a m rifọrọ n’efere m jee nye Lazrọs ọnye arịorịọ nke nedịne n’ọnụ ụzọ m. A bụ m nwoke omiiko na onye obiọma.
E, Nna ányị̄ ụkwụ. Amara m na ọ gekele gị.


Ekele dịrị Chineke! Chukwu nenye ndị ya nri. Nke a karịrị ihe kwesịrị m. Biko kelere m Nna gị ukwu.
Nna m ukwu si ka m nye gị ntakịrị ihe a.
É nwere m oke akụ dị egwu, m ga-achọ ọba sara asa nke m geji n’etinye akụ n’uba m.


Onye nzuzu! N'abalị a, i ganwụ ma bịa zaa ajụju maka mpụrụ obi gị.
Gasp! Blobb-Gu
Ọ bụ kwa ihe edebeworo madụ ka ha nwụọ ọnwụ nanị otu m̀gbè, m̀gbè nke a gasịrị, ikpe esoro ya.
Luk 16:19-22; Ndị Hibrụ 9:27


Ṁgbè ndị bịara ikwa nwoke ahụ ji ego gafesịrị, ha wee hụ na ọnye arịrịọ ahụ Lazarọs, nwụkwara anwụ.
Obụ agadị nwoke ọnye arịrịọ aha ya bụ Lazarọs. Ọ nwụkwara n’abalị. Udo dị ya nnọọ n’irụ.
É bụrụ ozu Lazarọs nenweghị emume ọ bụla, tinye n’ugbọala nke bupụrụ ya n’azu obodo. N’ebe ahụ ka eliri ya dịka ndị ogbenye. E meghị emụme ọ bụla, o nweghị kwanụ onye kwara ya.



Mana ndị mmozi bịara buru Lazarọs jee paradaịs.
Chaị! Njem a atọka! Ọ dịghị m̀gbè m chere na ịbụ ọnye nwụrụ anwụ ga-atọ utọ nke ukwuu!
Lazarọs nwanne ányị̄ nwoke ndeewo. Agụụ agaghị agụ gị ọzọ ma-ọbụ arụ mgbu. Bịa, ányị̄ nwere okpokorọ a gbasara n’iru gị.


Ọ bụ kwa ezigbo madụ mana ụfọdụ m̀gbè o na-adị ka ọ nemegịde ndị ọ hụrụ n’ányá. Mana ányī ga necheta sị na ọ hụrụ obodo ya n’ányá ma kwụba aka ya ọtọ n’ihe nịle.
Nwoke ọgaránýá ahụ nwere emụme olili kachasị mma ya na ili mara sọ mma. Madụ nịle ndị hụrụ akụ ya n’ányá bịakwara ile ma o nwere ihe ọ hapụrụ ha.
Ọ zọpuwo njem ije nara ụgwọ ọrụ ya. Ka mkpụrụ obi ya laa n’udo ebighịebi.


Mana ṁgbè nwoke ọgarányá ahụ nwụrụ, ọ hụrụ ọnwe ya ka ọ na-adaba n’ime olulu ebighịebi.

Luk 16:22


Nyere m aka! O Chi m, madụ biko nyere m aka! A nọ m ebe a n’ime ọkụ!


Nna ányị̄ Abraham, meere m ebere. A na m ahụ Lazarọs n’ebe ahụ. Dunye ya ka o tinye mkpịsị aka ya n’ime mmiri bịa mee ka ire m dị jụụ, n’ihi na ọkụ a atagbuola m n’ahụhụ.
Nnaa, ọ bụrụ na m nwere ike ya, a gara m enyere gị aka mana e nwere oke okike nọ n’etiti ányị̄ na odo ọkụ nke mere na ányị̄ enweghị ike gafee wee nyere gị aka. N’otu aka ahụ unu e nweghị ike ibata n’ebe ányị̄ no.
Ọ bụrụ otu ahụ, dunye Lazarọs je n’ụlọ Nnam ka ọ gwa ụmụ nnem ndị ikom ise ihe ọ hụrụ ka ha ghara i so kwa m bịa n’ebe oke ntaramahụhụ a.



Luk 16:22-31
Ha nwere ederede mozis na nke ndị amụma. Ha tinye okwukwe ha n’Akwụkwọ Nsọ.
Mana nke ahụ agaghị e zuru ha. Kama ha hụ ọrụebube nke mbilite n’ọnwụ, ha genwe nchegharị ma hapụkwa enweghị okwukwe ha..
Ma ha ekweteghị n’Akwụkwọ Nsọ, ha agaghị ekwete onye si n’ọnwụ bilie. Oge gị agafeela. Ha gemeriri mkpebi nke onwe ha. Ọ dị mwute na o nweghị ihe m pụrụ ime.


Hei, nnukwu ụmụ okorọbịa, unu chọrọ ịñụ ụtọ? Ịhụnányá m na-abịa ọnụ ala.
Nna ányị̄ ukwu, leghara ya ányá n’ihi na o nweghị otu esi enyere ụdị madụ a aka.


Akwụkwọ Nsọ kwurụ si, “Gị akwala iko.”
Hei, a bụ m nwányị̄ okpukperechi. E kweere m na Chineke.
Ekwensu aghọgbuwo gị. E nweghị ọgwụgwọ ọzọ dịrị gị ma ọ bụghị ọkụ ala mmụọ.


I nuwo ihe enyi gị nwoke kwuru. Nke m agaala.
Mana nke Chukwu agabeghi. Ị chọọ ya, ị ga-achọta ya. Ọ ga-agbahara gị mmehie gị ma weghachi mkpụrụ obi gị.


Mkpụrụ obi m bụzị nke ekwensu mana aga m enye ya Chụkwu ma ọ bụrụ na ọ ga...ga...




Ọpụpụ 20:14; Luk 8:2; 1 Jọn 1:9


Ieee!
Ekwensu si n’ime ya pụta!


Enye m gị iwu, pụta ma alaghachila ọzọ!
Ka Jizọs nyere iwu ahụ mmụọ ọjọọ asaa hapụrụ nwányị ahụ.


Ha apuwo!
Onye ka ị bụ?
A bụm Jizọs.


Luk 8:2, 11:24-26
Ị ga-akwụsị mmehie gị ma bido fewe Chineke. Ma ọ bụghị ya, mmụọ ọjọọ ndị ahụ geeku ndị ka ha njọ lọghachi.
A chọrọ m ife Chineke. A ga m eso gị ka m mụtakwuo maka Chineke.
Kedu ihe mere nwányị̄ a?


Nna ányị ụkwụ, a hụrụ m ihe mere nụ. Ọ dị kwa ebube. Ndị isi okpukperechi ányị agaghị atụpụrụ Meri Magdalin ọnụ n'oge ehihie,
mana ụfọdụ n'ime ha gejekwurụ ya n'abalị. I nyewo ya ndụ ọhụrụ.
Gị na ndị-neso-ụzọ-gị unu ga-abịali n'ụlọ m rie nri?
Ányị geso gị.



Gwa ányị̄ Jizọs, kedu ka madụ gesi kwụba aka ya ọtọ ma dị kwa ọcha n'ime obodo a rụrụ arụ? Agụụ gegbụ ányị̄ ma ányị̄ emebighi iwu nwa obere.
A gbala mbọ n'ihi ihe ndị ga-ala n'iyi mana gbaa mbọ maka ihe ndị ga-anọ ruo ebighịebi. E tinye la akụ n'uba uche, kama chee otu i gesi bụrụ ngọzi nyere ndị ọzọ.


Ndụ dị mkpa karịa erimeri na uwe. Ọ bụrụ na Chineke n'eyiwe ahịhịa nọ n'ọhịa uwe, ọ gakwa eyiwe gị nke gị.
Oge na-abịa m̀gbè madụ dum ga-akwụ n'ihụ Chineke n'ụbọchị ikpe. Unụ ga-agụsị kwa otu unụ siri bie ndụ n'anụ arụ a, ma ọ dị mma, ma ọ dị njọ.


Unụ emela ka ndị isi okpukperechi unụ si eme. Maka na ha nekwu otu ihe ma neme ihe ọzọ. Ha dị ka efere dị ọcha n'azụ ya mana ime ya ruru unyi.
Ọ bụrụ na eziomụme unu akarịghị nke ha, unu agaghị aba n'ime alaeze.



Eklisiastis 12:14; Matiu 23:25, 6:19-21,25,28-30,12-36; Luk 15:1-3
Ya bụ na, ị na-anabata ndị mmehie ma nọrọ ọdụ n'etiti ha neeri nnị? A hụrụ m na Meri Magdalịn nọ ebe a ya na ndị mmehie nịle a. Kedu ka i gesi neekwu na ị bụ onye eziomụme mana gị na udị ndịa n'eri nnị?
A ga m akọrọ gị akụ̀kọ́nke gekpuhe obi Chineke n'ebe madụ nọ.


Otu nwoke mụrụ ndị ikom abụọ. Nke obere wee dị isi ike ma chọọkwa i neme ihe masiri anụ arụ ya.
E, akụ́kọ́ nke a ga-adị m ụtọ.


Nna ányị ọ bụrụ ma i genye m oke nkem n'ubi ányị, a ga m eje obodo ukwu je chọọ uba nke m.
Nke obere ahụ e wee kwesike na ọ chọrọ ihe onwunwe ya ozugbo.
Mana nwam nwoke, ihe nịle m nwere bụ nke gị. Na m̀gbè na-adịghị ányá agaghị m adị kwa ndụ, m̀gbè ahụ gị na nwanne gị nwoke gewere ihe nịle a. I genwe akụ na ndụ gị nịle. Ányị nwere ọtụtụ aturụ na ehi. Ala ubi ányị n'ejuputa n'ọka kwa afọ. Ányị nwekwara ọtụtụ ndị nejere ányị ozi na ọtụtụ.......


Mana a chọrọ m isi ebe a pụọ je hụ uwa. A choghị m ibi n'ubi ebe m ga na-arụ orụ dị ka odibo na ndụm nịle. Ugbu a m ka neto eto a chọrọ m inwe obi añụlị. Ndị enyi m...
Ndị enyi gị nadịghị arụ ọrụ, sọọsọ ikwu maka ịnyịnya kachasị agba ọsọ, ya na mmányá kacha mma ya na ndị inyom kachasi n'akpalị ha.


Kedu ihe ị maara maka ụtọ ndụ? M̀gbè nịle i sukpuru onwe gi n’ime ubi ochie a. A chọrọ m oke m n’ubi a ugbua. A ga m eje n’obodo ukwu je chọọ ụzọ nke onwe m.
Nye ya oke ya. Ọ ga-akara ányị̄ mma ma ọ nọghị ya. Ọdịghị kwanụ m̀gbè ọ na-arụ orụ dịrị ya.


Nna ha nyere nwa ya nwoke nke obere ahụ oke nke ya n’ihe onwunwe. O wee pụọ, gafee osimiri chee iru n’ụzọ obodo ukwu ebe o chere na o genwete ihe mmasị ya dị iche iche.
Ugbu a ka ndụ mụ bidorọ. O nweghị ọnye ga-nekwuchịsị mụ ntị sị na ọ na-agwa m ihe m ga-neme.

Luk 15:11-13


Nwa nwoke nke obere...
Chai, ihe nke a juru ánýá karịa ihe m chere. Madụ nịle a na ụlọ ukwu nịle a. Ebe a ka ọ n'eti eti.
Aga m achọta ụlọ mara mma nke mgbazinye.


E, ebe a dị mma, aga m ewere ya.
Ị chọọ ihe ọbụla, kpọọ ányị. Ányị nwere ndị ga-aza gị n’ụtụtụ ma n’abalị.


Ugbu a, onye ga-ajụ ihe kariri nke a? Echi aga m apụ je hụ ndị madụ.
Luk 15:13


Ha, onye ka ányị̄ nwere ebe a? Ọ bụ nwoke ime obodo? O nwere ike ima mma ma ọ bụrụ na ányị̄ ga-ahụ ihụ ya.
He, nwokem ọ bụrụ na ị na-achọ idinam, jee kpụsịa afọ-ọnụ gị gote kwa uwe ka nke a mma.


Onye aghara. Efe ọhụrụ a mara gị mma.


Obi dị m ụtọ na ị bịara soro ányī neeri nri.
Ọ machaala mma ugbu a ọ kpụpụrụ afọ-ọnụ ya.


Ka ányị̄ ṅụo mmányá n’isi enyi ọhụrụ ányị̄. Ka o nenwe obi ụtọ na obi ụtọ m̀gbè nile.
...Ya na ịhụnányá




Luk 15:13


Ị chọrọ ka ányī jee na be gị nanị ányī abụo?


Otu ahụ ka nwokorọbịa ahụ, nke nọ n’ebe ányá site na be Nna ya jiri nekpori ndụ ọtụtụ ọnwa dị ka ego ya siri fọdụ.
Otu ụbọchị bịara m̀gbè mmasị obi iberibe ya richapụrụ ego ya nịle. Mana o ka nwere ọtụtụ ndị enyi ndị ji ego.



Kedu ihe i nekwu si na inweghị ego? E cherem na i nwere ego.
Ikwụ ụgwọ ibi ebe a, dị oke ọnụ. M ji ego mụ nke ikpeazu wee fee nza n’ọsọ-inyinya. É chere m na mụ nwere onye mmeri doro ányá ma a nọ m na-atụ ányá na...



Ihe i nekwu ọ pụtara na ego gị agwụla? Kedu ka i gesi zụtara m uwe ahụ I kwere m na nkwa?
Enwere m olileányá na nna gị nwere ike inye m ọrụ i nelekọta ụfọdụ ihe ọnwụnwe ya.
Ọrụ?


E nweghị m ike ikwere na m nenye ezi nri- ụmụ anụmanụ ndị a ruru unyi, na adịghị ọcha.
E che m na m nwere ndị enyi. Ha adịkwaghị atupụrụ m ọnụ ugbu a. Mana aga m achọta ọrụ ọzọ ma bụlite kwa onwe m elu.
OINK
SLUUUKK
Grụnt

Luk 15:13-15



Achọghị m ima ma ị na-arịa ọrịa. Pụọ n’ezi ebe ahụ jee lekọta ezi ahụ ányá. Aga m achụ gị n’orụ kpọta onye ọzọ ka ọ na-arụ orụ ahụ.
E, Nnamukwu, ewela iwe. Ejebewo m.


Ihe ọrụ a na-akwụ m adịghị ezuru m iri nri dị mma. Ọ ga-abụ na ndị enyi m neri ezigbo nri.


Lekwe ihe m bụzi?
Ezigbo oyi natụ m, agụụ na-agụ m. Aga m eri nwụ nnị ezi a. Ndị ụmụ ọrụ nnam nwere nnị karịa nke ha gerinw. Ọ bụrụ na m ga..... Mba, agaghị m alaghachi n’ebe ahụ. Otu m siri pụọ geme ha ịkpọ m asi.


E meela m iberibe. Ọ bụrụ kwanụ ma m laghachi je rịọ ya ka m bụrụ nwa orụ ya? E mefusiwo m oke nke m nwere n’ubi ányị̄. Mana aga m abụlikwa nwa ọrụ- ọ bụrụ na ha gekwe.


Anabago m be m.
Onye iberibe! I jighị ego. I geji ụkwụ jee maịl ole?


Ǹgbè ọtụtụ izu gasiri dị ka o ji ụkwụ na-ala, o rutere nso be ha.
Ọ fodụrụ obere ka m ruo. E nweghị m ihu nke ị bịa ebe a na-arịọ ihe ọ bụla. Aga m asị ya, “Nnam, é mehiela m gị ma ekwesịkwaghị m ịbụ nwa gị. Mee m ka m bụrụ nwa ọrụ gị.”

Luk 15:16-19


Ị na-ahụ nwoke ahụ na-abịanụ? Ányá mụ adịkwaghị ka ọ dị na mbụ mana m na-agwa gị sị na ọ neje ije dịka nwa m nke furu efu.
E, O tolite tụla ma taa arụ mana ọ dịm ka ọ bụ nwa gị.


Nwa m nwoke!


Nwa m nwoke, nwa m nwoke! Ị lọtawo ụlọ!
Nnam, emeghela m n’ebe ị nọ...



Ya mere ekwesi kwaghị ka a kpọọ mụ nwa gị nwoke...


Ányị̄ chere na Ị nwụọla, mana ugbu a ịdịkwala ndụ ọzọ. Ányị̄ gefichasị gị arụ n’egbughi oge.
Ị gaghị aba n’ime ụlọ otu a ị dị. Odịbo m gewetere gị uwe kachasị mma ya na akpụkpọ ụkwụ. Ọla-aka efugo. E, i geyi ọla-aka. Nwa m nke a na-achọ achọ abatawo.


Gbuo nwa-ehi nke mara abụba. Kwadoo nụ oriri ukwu. Kpọnụ ndị ọbịa, ányī ga-añụ ọñụ n’ihi na taa bụ ụbọchị añụri.


Obi dị m ụtọ na unụ dum bịara soro m na-añụrị maka ihe ọma meere m ta. Ike gwusịrị nwam site na ihe ọ gabigara mana ka ọ na-eri ezigbo nri, ọ genwetekwa ike ya ọzọ. ụbọchị a bụ ụbọchị kachasị mma n’ime ndụ m.


Nwanne ya ochie nke nwoke anọgị ya kem̀gbè ọtụtụ ụbọchị. M̀gbè ọ lọtara, ọ hụrụ mmemme n’ụlọ ha.
Kedu ihe bụ uda mkpotu na egwu a nke m na-anụ?
Nwanne gị nwoke nke obere alotawo n’eyi oye tara ahụhụ. Ọ na-arịa ọrịa ma gbara kwa aka. Nna gị na-añụ ọñụ na ọ lọtala. Mee ngwa bata n’ime ụlọ.
Agaghị m eso unụ neme nzuzu. O biela ndụ mmehie na ihere.
Nwa ọrụ ahụ gwara Nna ya ihe o kwurụ, nna ya wee pụta ịbịa gwa ya okwu.


O teela aka mbidorọ na-achọ nwanne gị, m chere na o fuola. A nọsị m na-achọ ịkwụsị icho ya ma lee ka ọ na-abịa n’ụzọ. Nke ahụ bụ ngọzi Chineke. Chi ányị̄ dị mma.
Ọ rara m ahụ ikwete na gị na ọnye mmehie dị otu ahụ ga na-añụrị kọta. Ọ gaghị ekwe m omụme.


Akụ̀kọ́a tọrọ utọ mana ihe i nekwu ọbụ na ányị̄ dị ka nwanne ya ochie?
Onye nwere ntị ya nụrụ.

Luk 15:23-32


Nwoke a dị ọjọọ, madụ niile hụrụ ya n’ányá.
Ọ nenye ha olileányá.
E, mana olileányá ahụ bụ ugha. Onye nekwe onye mmehie nkwa ndụ ebighịebi? Ọ ga-anwụ. Kpọkọta madụ niile ka ányī nwe nzụkọ n’ụlọ ọnye isi n̄chụ́-àjà.


Bịa, ányī ga-alaghachi Galịli jee zuo ike. Oge na-abịa m̀gbè ha getinye m na mkpọrọ. Ha ga-akwa m emu ma kpọgbụo m n’obe. Mana n’ụbọchị nke atọ, aga m ebilite n’ọnwụ.
Kedu ihe ọ pụtara, “I bilite n’ọnwụ?”
Amaghị m. ọ ga-abụ ilu.


Nna-ányị̄-ụkwụ, obi dị mụ mma ịhụ gị. Ọ na-adị m ka ọ bụ gị kpọghachiri m site n’ọnwụ.
Gwa Meri na Mata na mụ ga-abịa. Gwakwa ha na ọrịa ahụ abịaghị ka Lazarọs nwụọ mana ọ bịara iji nye Chineke ekele.
Lazarọs? Ọrịa? Ka ányị̄ mee ngwa ngwa!


Ụbọchị abụo kemesịrị...
Nna-ányị̄-ukwu, ụbọchị abụọ agaala kem̀gbè ányị̄ nụrụ na Lazarọs dị n’ọrịa nke ọnwụ, ọ gefu kwa ányị̄ ụbọchị abụo ijerụ ebe ọ no. Ọ bụ na ányị̄ ekwesịghị ijebe?
Echi, ányị̄ ejebe. Unu ga-ahụ kwa ebube Chukwu.




Matiu 20:17-19; Jon 11:1-15


Jizọs na ndị-neso-ụzọ-ya nọ n’ezi.
AAHHHHH!
Mbaaaa!
Gwa ha chere m ebe ahụ. Ányị nezere ndị Farisi na ndị ṅchụ́-àjà. Ha nọsi n’ebe a maka na ha chọrọ igbu ya.
Lazarọs nwa ogbenye!


Onyenweányī, ọ bụrụ na ị nọ ebe a ṁgbè ahụ, nwanne m nwoke ka ga-adị ndụ. Mana ugbu a, a mara m na onweghị ihe ị yọrọ Chukwu nke ọ na-apụghị imere gị.
Nwanne gị nwoke gesite n’ọnwụ bilie.
A mara m na ọ gekuli n’oge mbilite-n’ọnwụ nke ọgwụgwụ nke ụwa.


Abụ m mbilite-n'ọnwụ na ndụ.
ọnye kwere na m, ma ọbụladị na ọ nwụọ, ọ ga-adị kwa ndụ ọzọ. Mana ndị dị ndụ nwere okwukwe n'ime m, agaghị anwụ. I kwetere na nke a?


E, Onyenweányị̄. É kwere m na ị bụ Mezaịa, Ọkpara Chineke, nke e buru n’amụma ga-abịa ụwa.


Ǹgbè Mata gwasịrị Jizọs okwu, o wee zie ozi ka e je kpọọ Meri.
Bịa, o jebego ịkwa akwa n’ili.
Ohhhhhh!
Jọn 11:17-31


Onyenweányị̄, ọ bụrụ na ịnọ ebe a, nwanne m agaraghị ịnwụ.
Kedụ ebe o dina?


Obi na-alọ ányị̄ mmiri n’ebe ọ nọ.


Lee ka Jizọs si hụ Lazarọs n’ányá.
Ọ bụ na ọnye mere ndị isi ka ha hụ ụzọ, é nweghị ike ime ka enyi ya nwoke ghara ịnwụ?


Tugharịa nkume ahụ wepụ ya.
Mana Onyenweányị, ugbu a, ọ ga nesi isi. Ozu ya anọwo abalị anọ.
Ọ bụ na m gwaghị gị na i nwe okwukwe n’ime m, ị ga-ahụ ebube Chineke? Wepụ nkume ahụ.


Chineke Nna m, a na m ekele gị maka na ị na-anụ olu m. Adịghị m ekpe ekpere a n'ihi m, maka na a mara m na ị na-anụ olu m oge nịle. A na m ekpe ekpere a otu ọbụ ndị n'ekịrị ányá gekwere na gị zitere m. Ugbu a Nna, bulie ọnwe gị elu.

Jọn 11:32-42


Lazarọs, bịa pụta.
O mefewo ya oke na nke a.
E, o neme onwe ya onye iberibe.


Gịnị, ozu ebidowo ire kem̀gbè.
M̀gbè ndị a nịle ga-ahụ na ọ maghị ihe ọ neme, ọ ga-adịrị ányī mfe igbu ya.


Ịsị? E kweteghi m.
O nweghi ike ịbụ!


Otuto dịrị Chineke!
WHOOEEEE!




Jọn 11:43-44


Lazarọs m̀gbè ọ nọsịrị abalị anọ n’ọnwụ si n’ili ya wee pụta dị ka e ji uwe ndị nwụrụ anwụ kee ya aka n’ụkwụ.
Tọghapụ ya ma hapụ ya ka ọ pụọ!
Onye gemenwu ụdị ihe a, ma ọ bụghị Chineke?


Kedụ ihe unu n'ele? Tọghapụnụm uwe ili a.
Oruola ụbọchị anọ ị nwụrụ.
Nna-ányị̄-ukwu, nke a dị ngwa ngwa! Ọ bụ Mata zitere m ka m chọta gị.Lazarọs dara ọrịa nke nwere ike igbu ya. Ọ bụ kwa ezigbo enyi gị. I mee ngwa, I gerute tupu ọ nwụọ n'ihi na ányị̄ mara na ị ga-agwọnwụ ya ọrịa ya.


O Lazarọs, obi dị ányị̄ mma ịhụ gị.
Agụụ na-agụ m. Gwanụ ndị obe akwa laa ka ányị̄ rie nnị.
Ngọzi dịrị gị Onyenweányị̄ Chineke.



Ị na-ahụkwa ihe nke a mere nụ. Ọdịghị otu o siri bụrụ aghụghọ. A hụrụ m Lazrọs tupu e lie ya. Ọ nwụrụ anwụ piii, nke ahụ doro m ányá.
M̀gbè Jeruselem ga-anụ nke a, ha geme ya Eze. Ka ányị̄ mee nke ányị̄ neme ngwa ngwa.
Ka ányị̄ je gwa ndị ode-akwụkwọ na ndị Farisi na-atufughị oge.


Na Jizọs megharịri ndị madụ ányá tata. Ndị nịle hụrụ ya che na ọ bụ eziokwu na o kuliri madụ n'ọnwụ.
Ányī achọghị ịma otu o siri mee ya; ma ányī akwụsịghị ya, ọ geri obi madụ dum.
E nwee kwa nnupuisi ọzọ, ndị rọm gekupu ányī n'ọchịchị. Ha na-atụ ányá na ányī gedebe udo.
Jọn 11:44-48



Mana Jizọs emetubeghị ihe ike ọbụla megịde ndị rom.
Okwu ya n’adị ike! Ọ na-apụta n’ihụ ọha na-akpọ ányị̄ ndị ire abụọ. Ndị madụ na-achị ányị̄ ọchị ma na-akwa ányị̄ emu n’ezoghị ezo.


E kwesịrị iwepu ya. Ọ gaghị ekulite onwe ya n’ọnwụ.
A geeme nke a egbughi oge.
Tupu o mebisie nsọpụrụ nịle nọ n’okpukperechi ányị̄.


Ha ajụwo m kama ha chọrọ igbu m. Ha aghọtaghị na m bịara dị ka onye nzọpụta. A gwam unu, ṁgbè m lachasịrị, ndị rọm gemebisi ụlọ nsọ a ha hụrụ n’ányá. Ọdịghị otu nkume nke ga-anọ n’elu ibe ya.


Oge na-abịa m̀gbè a ga-atụ ndị hụrụ m n'ányá mkpọrọ. Obodo nịle ga-akpọ unu asị nanị maka na unu hụrụ m n'ányá. Ọtụtụ n'ime unu ga-anwụ n'aka ha. Ndị ọzọ ka a ga-achụpụ site n'ebe obibi ha ma agaghị ekwe ha rụọ ọrụ. Ya ejula unu ányá m̀gbè unu ga-ahụ ihe ndị a ka ọ nemezu. N'ihi na a genwe ọtụtụ agha, ala ọma jijiji, ọrịa, ụnwụ na odachi dị iche iche. Mana ọgwụgwụ oge agaghị eso ihe ndị a bịa.


Ihe ndị a bụ nanị mbido oge iriuju. Ndị obodo ọzọ ga-anọchi Jeruselem ruo m̀gbè oge ndị obodo ọzọ ahụ ga-abịa na mmezu. Madụ bịa gwa gị na m alaghachiwo, na gị jee ebe a ma-ọbụ ebe a ije zite m, é kwela. Ọtụtụ geji asị bịa na ha bụ Mezaịa ma o bụ na ha bụ ọnụ nekwurum.




Matiu 10:22, 24:2, 5-9, 21, 27-31; Luk 19:43-44, 21:8;
Jọn 11:49-53; Mkpughe 2:10


Nna-ányị̄-ukwu, Mata zitere m ka m gwa gị sị na gị na ndị-neso-ụzọ-gị nwere nnabata n’ụlọ ha. Jerụselem agaghị ekwe kwa unu ịnọ n’ihi na ọ dị ndị obi na-adịghị mma maka na i kuliri Nnamukwu Lazarọs n’ọnwụ. Ị ga-abịa nụ nọrọ na be ányị̄?
Obi ga-adị ányị̄ utọ i bịa. Aga m achọ ihụ ha otu ugborọ tupu oge ikpe m.


Ọ bụ Jizọs na ndị-neso-ụzọ-ya.
Nna-ányī-ụkwụ, ụlọ m bụ ụlọ gị. Bịa ka i zuo ike.
Lazrọs enyi m, arụ dị gị mma karịa oge ikpeazu m hụrụ gị. Ọ dị mma ị na-aba n'ụlọ gị kama n'ili gị.


Ányị akwadowo ihe oriri ma kpọọ kwa ndị ọbịa.
Nna-ányị-ukwu, ị bụ mbilite-n'ọnwụ na ndụ.


A bịara m n’ime ụwa inye ndụ m n’ihi ya. Ha getinye m na mkpọrọ ma kpọgbụo m n’obe mana ụbọchị nke atọ ya, aga m ebilite n’ọnwụ.

Matiu 20:19, 26:2;
Jọn 12:1-2, 14:6




Ị bụ mbilite n’ọnwụ na ndụ, ọnye kwere na gị agaghị anwụ.


Meri, kedu ihe i ji ihe-ísì e ji akwa-ozu eme?


Onyenwem, ị bụ mbilite n'ọnwụ na ndụ. Ọ bụrụ ma i nwụọ, ị ga-adị ndụ ọzọ.


Meri, ihe-ísì ahụ ruru ụgwọ ọrụ otu afọ. Kedu ihe mere i ji emefu ya?
Ọ bụ Nna-ányī-ukwu ka ọ nete ya.
É nwere ike ire ya ma were ego ya nye ụmụ ogbenye.


Meri jiri ntutu ya wee fichaa Jizọs ụkwụ.
Hapụ ya aka. O mewo ihe nke a n'olileányá m̀gbè a geli m.


Kedụ ihe ọ nekwu maka olili?
Ọ si na-aga akpọgbụ ya n’obe mana ọ bụghị nke ọnwụ ka ọ nekwu.




Matiu 20:19;
Jọn10:11, 12:3-6


Nna-ányị̄-ukwu, Jeruselem nịle n'eche gị ka ị bịa.
Jee wetere m ịnyịnya ibu nke m ga-agba. Ányị̄ geje Jeruselem otu ugboro nke ikpeazụ.


Nna-ányị̄-ụkwụ, ọ dị ọtụtụ madụ kariri madụ puku ndị neche ka ị bịa Jerụselem ka ha mee gị Eze.
A ga-ajụ m, kpọgbuo m n’obe ma n’ụbọchị nke atọ, aga m ebilite n’ọnwụ.


Tọo ya, Eze ndị Ju.
Ngọzi dịrị ọnye na-bịa n’aha Onyenweányị̄.
Ekele dịrị nwa Devid.


Nye efe maka Eze nke Izrel.
Ekele diri Chineke.
Onye nzọpụta nke e kwere ányị na nkwa.

Jọn 12:12-13



Ndị madụ na-akpọ ya Eze ndị Ju!
Nwa nke Devid, gbapụta ányị̄.
Ha chere na ọ bụ ya bụ Mezaịa nke e kwere na nkwa.
Kedu ihe mere o ji abịa n’ụlọ nsọ? O kwesịrị ị na-atụ egwu ndụ ya.



Ha ka nemebisi Ụlọ Chụkwu. o yiri ahia karịa ụlọ ekpere.
Aga m enye gị nke a n’ezigbo ọnụ ya. Ndị-ñchụ́-àjà ekwuwo na ọ dị mma.



O wutere m mana ị choọ mgbanwe ka mma, i geje n’ebe ọzọ. Agaghị m emeli karịa nke a.
Matiu 2:11-12



Jizọs mekwara ya ọzọ. O kpochapụrụ ndị ori na ndị aghụghọ ahụ site n’ụlọ nsọ.
Crash!
Buru ngwa ahịa a si n’ụlọ Nna m pụọ. Unụ bụ ndị ohi na ndị omekome.
Unu na-abịa ebe a ịkpata ego site na ndị bịara ikpe ekpere. Unụ na ego unu laa kwa n’iyi.
Lee ányá!


Kedụ ikike iji eme ihe nke a?
BANG!
Emela ụlọ Nna m nzụkọ ndị ohi.
CRASH!
Kedụ onye i che n'ibụ?


Nna-ányị̄-ụkwụ, ndị-ñchụ́-àjà na ndị Farisi edunyewo ndị nledo ka ha n’esoghari ányị̄. Ányị̄ na-anụ okwu na ha getinye gị na nga tupu mmemme ngabiga nke na-adịghị ányá site n’ugbu a.
Ị maara ihe ọ pụtara mbụ ihe nke a o mere n’ụlọ nsọ tupu mmemme ngabiga.


A gwawo m unu na m ga-ata ahụhụ n’aka ha, na ha ga-akpọgbụ m n’obe mana n’ụbọchị nke atọ, m gebili n’ọnwụ.
E, amụma kwurụ si “iñụ ọkụ n’obi nke Chineke eripiala ya” nakwa na “o ga-abịa na mberede n’ụlọ nsọ ya.” Ọ bụ eziokwu na ọ bụ Mezaịa.
Ányị̄ gegbochu ya tupu mmemme nke ngabiga. Ányị̄ nwere onye nledo n’etiti ndị-neso-ụzọ-ya.
Abụ Ọma 69:9; Matiu 21:12-13


A dọọ m unu aka na ntị, m̀gbè m ga-ala, ha getinye unu n’ime mkpọrọ ma tie unu ihe. Ụfọdụ n’ime unu ka ha gegbu. Unu gezi ha ihụnányám na ikem m̀gbè ha ga-akpọje unu ụlọ ikpe. Aga m etinye okwu m n’ọnụ unụ. Ụmụ azi gekwu okwu megịde nne na nna ha, ma ndị nne na nna gekwu okwu megịde ụmụ ha. A ga-akpọ unu asị maka na unu mara m. Ụfọdụ ndị amụma ugha dị iche iche ga-apụtakwa sị na mụ zitere ha. Mana Mụọ Nsọ ga-anọnyere unụ.
Nna-ányị̄-ukwu, kedụ ihe ányị̄ geji mara m̀gbè ị ga-alaghachi na m̀gbè ụwa ga-abịa na mmechi.


Nna-ányị̄-ukwu, kedụ ihe ányị̄ geji mara m̀gbè ị ga-alaghachi na m̀gbè ụwa ga-abịa na mmechi.
Madụ bịa gwa unu na m na-abịa n’otu ebe ma-ọbụ n’otu m̀gbè, ekwetekwala ha. Ọbịbịa m ga-adị ka ọkụ eluigwe, tụkwasị obi na mụ maka n’oge ikpeazụ a ga-azọpụta unụ site n’ikpe nke ga-adakwasị ndị ajọ-omụme. Dịrị nụ na njikere n’ihi na unu amaghị ụbọchị ma-ọbụ m̀gbè awa m̀gbè m ga-abịa.


Dịka ọ dị n’ụbọchị nke Noa, ka ọ ga-adị m̀gbè m ga-alọghachi. Ndị madụ nọrọ neme ihe masịrị ha na-amaghị na ihe egwu na-abịa rue m̀gbè iju mmiri ahụ bịara sụpụsịa ha dum. Aga m abịa na mberede dị ka ọnye ori n’ime abalị.
Ndị ikom abụọ ga-anọ n’ubi, na-arụ ọrụ, otu ga-abịa izute m ma a ga-ahapụ nke ọzọ ka o jee taa ahụhụ.
Ndị inyom abụọ ga-anọkọ ọnụ na-akwọ nri ọka. Otu n’ime ha ka aga ewere mana hapụ nke ọzọ. Unu lezie ányá dị nụ na njikere maka na unu amaghị m̀gbè m ga-abịa ọzọ.


Nna-ányị-ukwu, ka m je hụ madụ n’obodo. Emesịa, m laghachi.
Jee Judas, mee ihe sọrọ gị.


Ugwo ya dị mma, aga m enyefe Jizọs n’aka unu.
Ọ bụ na ị bụghị Judas otu n’ime ndị-neso-ụzọ-ya?
E, mụ na ya anọọla afọ atọ mana ike agwuwo m. Ọ nekwu okwu ka onye ara. É nwekwaram ihe m ji ego ahụ eme.





Matiu 26:14-16; Mak13:5-13; Luk 17:26-37; jọn 12:23-24; 2 Pita 3:10



Ugbu a, mkpụrụobi m ezukwaghị ike, ma kedụkwanụ ihe m gekwu, “Nna, zọpụta m site na awa a?” Mba, n’ihi na ọ bụ maka nke a ka m ji bịa ụwa.


Nna, bụlie aha gị elu.



Ebuliwo m aha m kama aga m eme ya ọzọ.
Ọ dara uda dị ka egbe eluigwe.
Chukwu agwawo ya okwu.
Onye mmozi agwawo ya okwu.


Olu ahụ abụghị maka ihi m, ọ bụ maka ihi unu. Oge na-abịa m̀gbè ọnye isi nke ụwa, ekwensu, ga-ada. Makwa é bulie m n’obe ka m nwụọ, aga m esete ụmụ madụ nịle ka ha bịakwute m.
Ányī mara na ndị amụma sị na Mezaịa gebi ndụ ebighịebi, mana i nekwu sị ị ga-anwụ. Onye bụzi Mezaịa?


Unu genwe ìhè ntakịrị oge. Kwere n’ime ìhè a ka unu wee bụrụ ụmụ Chineke.
Ọ dị m ka okwu ndị ara.


Ọ bụrụ na onye ọ bụla jụ mụ na okwu m, ọ na-ajụ Chineke. Abụ m ìhè nke uwa. I kwere na m, i gaghị anọ na ọchịchịri kama i genwe ndụ ebighị ebi.

Jọn 12:27-36



ISI 11

# Ngabiga na Ntarmahụhụ


Jee kwado oriri ngabiga nke ányị̄ geri.


Ọ gụọla m iso unu rie oriri ngabiga a, tupu m je taa ahụhụ. Mụ na unu agaghị erikwa ya ọzọ rụọ m̀gbè Alaeze Chineke ga-abịa ụwa. M̀gbè ahụ unu geri ya n'okpokoro m. Unu ga-anọsị n'oche eze ma nekpe egbo iri-na-abụọ nke Izrel ikpe.
O nwere ihe m ga-agwa unu otu ọbụ m̀gbè o mezuru unu gekwere n'amụma nọ n'ime akwụkwọ nsọ nke Abụ Ọma 41:9, "onye ahụ nke mụ na ya rikọrọ achịcha, ebụliwo ụkwụ ya megịde m." Maka ya agwam unu na otu onye n'ime unu nke aka mụ na ya nọ n'okpokoro a ga-arapụta m.
MBA!


Akachiwo ya, mana ahụhụ ga-adịrị nwoke geme ụdị ihe ahụ.


Onyenweányị̄, ọ bụ mụ? Achọghị m m irapụta gị.
Onyenweányị̄, ọ bụghị m, ọkwa ya?
Onyenweányị̄, enweghị m ike irapụta gị.
Luk 22:8-23


Ọ bụ onye nke mụ
na ya getinye kọta aka
n’ime efere nri.


Ányị nile tinyere aka n’ime efere nri.
Jọn wee were olu nta jụọ Jizọs onye na-arapụta ya. Jizọs wee sị ya, “Onye nke m genye obere achịcha a ma m dotu ya.”



Nna-ányị̄-ukwu, ọ bụ mụ?
Otu ahụ ka ị siri.


Jizọs wee dotu achịcha were nye Judas.


Ihe ahụ ị chọrọ ime, mee ya.

Matiu 26:23-29;
Jon 13:26-30




Ugbu a, aga ebuli m elu. Obere-ụmụ m, na ṁgbè nta, mụ na unu agaghị anọkwa.
Unu agaghị ejeli ebe m neje. E nye m unu iwu ọhụrụ, ka unu hu onwe unu n’ányá. Otu a ka madụ nile gesi mara na unu bụ ndị-neso ụzọ m, ma unu hụ onwe unu n’ányá.
Zekaraịa buru n’amụma sị, aga m eti onye-ọzụzụ-atụrụ ihe, makwa umụ-atụrụ ya ga-agbasasị n’ebe nile.” Ṁgbè a gekuli m n’ọnwụ, aga m eje n’iru unu baa n’ime Galili. Unu dum ga-agọnarị m n’abalị a.


Onyenweányī, ọ bụrụ na madụ nile gọnarị gị, agaghị m agọnarị gị.
Pita tupu oke ọkụkọ ebee akwa ugboro abụọ. Ị ga-agọnarị m ugboro atọ.


Kama m ga-agọnarị gị aga m eso gị nwụọ.
Ọdighị otu m gesi gọnarị gị.
O nweghị ụdị ahụhụ ha ga-ata m nke geme ka m gọnarị gị.


Akwụkwọ Nsọ mere ka o doo ányá na unu nile ga-agọnarị m. Ọzọ, Aịzaịa onye amụma sịrị maka m, “Ha kpasara ya agwa dịka onye mmehie.”
Pita m̀gbè i gemecha laghachi n’okwukwe, kwadosie umụNna gị ike n’okwukwe.




Matiu 26:33-35; Jọn 13: 31-38;
1 Ndị Kọrịnt 11:24-25


A ga-agbaji arụ m n’ihi unu.


Were ya tachaa ha nile.


Iko mmányá
nke a na-anọchi ányá
ọgbụgbandụ ọhụrụ nke e ji
ọbara m wee mee. A ga-awụpụ
kwa ya maka i ji nwetere unu
mgbahara mmehie.


Kee ya n’etiti unu ma n̄ụchaa ha nile. Agaghị m an̄ụ mkpụrụ osisi nke vine a ọzọ, rụọ m̀gbè mụ na unu ga-an̄ụ ya n’Alaeze m.



N’odinihu m̀gbè unu n’eme nke a, unu ga-nechete ọnwụ m rụọ m̀gbè m ga-abịa ọzọ.





Jọn 14:1-3;
1 Ndị Kọrịnt 11:24-26


Mana Onyenweányị, ányị amaghị ebe i neje, kedụ ka ányị gesi jekwuru gị?


Unu ma ụzọ n’ihi na abụ m ụzọ, eziokwu na ndụ. Ọdighị onye ga-abịakwute Chukwu ma o sighi n’ime m. Ị mara m, imarala Nna m, ma hukwa ya.


Nna-ányị̄-ukwu, gosi ányị̄ Nna ka afọ ju ányị̄.
Philip, mụ na gị ọ nọchara ogologo oge a ma ya bụrụ na ị maghị m? Ọ bụru na i huwo m, i huwo Nna. Mụ na Nna bụ otu.



A gaghị m ahapụ nanị unu, aga m abịaghachiri unu. Ndị ụwa agaghị ahụ m ọzọ mana aga m ezitere unu Mụọ Nsọ nke gebi n’ime unu ma kasiekwa unu obi. Ọ ga-anọ unu n’ime ma nedu kwa unu n’eziokwu nile.
Ọ bụru na unu hụrụ m n’ányá, unu debe iwu m. aga m enye unu udo nke ndị ụwa apụghị ị nara unu.


Ọ bụru na unu hụ m n’ányá, unu gesokwa m n̄ụọ ọn̄ụ maka na a na m alaghachiri Nna m. A gwala m unu ihe ndị a tupu ha mee otu ọbụ m̀gbè ha nile mezuru, okwukwe unu gesi ike.
Kulie nu ka ányị̄ bụọ abụ ma jeekwa n’ubi je kpe ekpere.




Matiu 26:30; Jọn 14:5-10, 15,25-30



Soro nu m nwayo nwayo. Ányị geje n’ebe ekpere ányị nke nọ na nzụzọ je kpe ekpere.


Obi nwute adịla unu maka na mụ sị na m̀gbè na-adighị ányá a ga-anapụ mụ unu. Ma emesịa, m̀gbè na-adịghị ányá, unu ga-ahụ m ọzọ.
Ọ bụ ezie na unu ga-akwa akwa mana ihe-mgbu-unu ga-agbanwe ghọ oke ọn̄ụ. É si m n’ebe Nna m bịa, n’oge na-adịkwaghị ányá, aga m alaghachikwute ya.
Ugbu a ka i nekwu okwu doro ányá. Ányị̄ ekwerewo.
Unu ekwerewo ugbụ a? N’obere oge, unu nile ga-ahapụ m gbasasịa. Nọrọnụ ebe a ka m jee ebe dị obere ányá je kpe ekpere.


Nna, oge eruwo. A lusiwo m olu nke i nyere m. Ugbu a bụlie m elu, were ụdị mbuli-elu ahụ nke mụ na gị nwere tupu e kee ụwa. A kuziworo m ha maka gị ma ha anabatawo okwu m.  Ndị ụwa ga-akpọ ha asị dịka o si kpọọ mụ asị maka na m gwara ha eziokwu mmehie ha. Ha abụghị ndị ụwa a. A sikwaghị m gị kpọpụ ha n'ụwa mana chebe ha site n'aka onye mmebi-iwu.
A nakwa m ekpere ndị nile ekpere ndị gekwere na m site n'okwu-ọnụ ha. Ọ ga-amasị m ma ha nọrọ dịka mụ na gị Nna siri nọrọ. Nna, ka ịhụnányá nke i ji hụ m n'ányá nọrọ n'ime ha.





Matiu 26:31, 38; Jọn 16:19-20,17:1-10


Nna ọ bụrụ na ọ gekwe omụme napu m iko iwe ọkụ nke a m ga-anụriri. Kama a chọghị m ime ihe masịrị m nanị nke gị. Ọ bụru nenweghị ụzọ ọzọ, aga m añụ ya.

Jizọs batara n’ụwa i bụ onye n’ebụ mmehie ụwa nile. Ma m̀gbè oge ruru, o ledara ihere nke obe ányá. N’ihi na ọ pụtara na e mere ya ka o bụrụ mmehie nyere madụ nile na m̀gbè nile.




Kama ọbụghị mmasị m mana ọ bụ mmasi gị gemezu.
Ọsụsọ Jizọs ghọrọ oke ọkpụrụkpụ ọbara.


Na mberede, otu mmozi wee bịa ịkasị Jizọs obi.
Onye nsọ, oge awa nke ntaramahụhụ gị abịawo. Mana Chukwu Nna nonyere gị. Ụsụ-ndị-agha nke eluigwe ga nelekwa gị ányá echi m̀gbè i gewere mmehie nile nke ụwa n'arụ gị.
Ányị̄ nọ ya m̀gbè i kere ụwa; ányị̄ ga-anọkwa ya m̀gbè i ga-agbapụta ya.


Echi a gemeri ekwensu ma kwuokwa ụgwọ mmehie.
Abraham na ndị nile nọ na paradaịs neche ṁgbè ị ga-abata. Ha akwadowo okpokoro n’usoro n’ihu gị, n’ányá ndị na-akpagbu gị; iko gị nejuputasị. N’ezie ịdịmma na ebere geso gị, ma ị gebikwa n’ime ụlọ nke Chineke, ogologo ụbọchị nile.
Bilie, Judas nwa ila n’iyi na-abịa ka ọ rara gị nye.
Abụ Ọma 23:5-6;
Luk 22:41-44;
Jọn 17:12;
Ndị Hibru 6:6, 12:2


Nna, n’ihi nke a ka m ji bịa ụwa.


Ura eburuwo unu. Ọ bụ na ike adịghị unu i so m kpe ekpere otu awa? Bilie, ararawo m nye n’aka ndị mmehie.


Nna-ányị̄-ukwu, ọ dị nnọ mma na m hụrụ gị ebe a. Mana egwu n’atụ m maka ndị so m n’azu.


Judas ọ bụ nsusu-ọnụ ka i ji na-arapụta m?




Matiu 26:40, 45-50: Jọn 12:27, 18:1-4


Jizọs nke Nazaret.
Ọ bụ mụ.



Lezienu ányá! O nwere ikike!
Ndị agha ahụ nọ na-atụ Jizọs egwu. Ha nile dalara azụ wee dasara n’ala.


Ọ bụ ya. Kedụ ihe unu na-atụ ụjọ? Kpọrọ ya!


Unu agaghị akpọrọ Nnamukwu.




Jọn 18:4-6,10


Kwụsị! Ọdịghị ọbara a ga-akwafu ebe a ọzọ Pita. Tighachi mma gị na be ya. Ọ bụrụ na mụ chọrọ m gaara akpọ ndị mụozi puku-iri ka ha bịa nyere m aka. Ugbu a bụ m̀gbè awa ọchịchịrị.
O gbụpuru mụ nti.


Unu ji mma agha bịa ịkpụrụ m dịka m bụ onye ori. Mana mụ na unu nọsị n’ụlọ nsọ. Ọ bụ gịnị mere unu akpọrọghị m oge ahụ? Aga m agwa unu, o bụ ka ihe é dere n’akwụkwọ nsọ wee mezuo.


Chineke nyere m aka!


Lee ya, odiwo mma ka nke ọhụrụ.


Ọ bụ mụ ka unu chọrọ. Ányị̄ agaghị eguzogide unu. Kpọrọnu m ma hapụ ka ndị ọzọ a laa.


Ọ bụ oluebube! O mewo ntị m dị mma! O mewo ntị m dị mma!




Matiu 26:52-57, Mak 14:51-52:
Luk 22:50-51


N’eje n’iru ha chọrọ imechi okwu a, tupu ndị madụ anụ maka ya.


Ha kpọtara Jizọs n’ebe ndị n̄chụ́-àjà na ndị akaebe zukọrọ.
Ha na-agwa m na ị sị na ị bụ Mezaịa, ma kwuokwa na Chineke bụ Nna gị. Ị sịrị na ị bụghị onye ụwa a. Kedụ ebe i siri bịa?
A kuziwo m nkuzi n’ụlọ-ekpere na kwa n’ime ụlọ-nsọ. E kwughi m okwu ọbụla na nzuzo. Kedụ ihe i ji ajụ m? Jụọ ha ndị nụrụ m, ha ma ihe m kwuru.


Glunk


Ị gaghị asa onye isi ndị nchu-aja ányị̄ okwu n’usoro ahụ.
Ọ bụru na mụ kwuru ihe ọjọọ, gbaara ihe ọjọọ ahụ ama, ma ọ bụru na mụ kwuru ihe ọma, o bụ gịnị mere i ji tie m aka?




Jọn 18:19-23


Ọ sị na ọ gemebisi Ụlọ Nsọ ma wuziekwa ya n’ime abalị atọ nejighi aka ya.
Mba, ọ sị na onye ọzọ gemebi Ụlọ Nsọ ahụ ma na ya gewuchigha ya.
Ị nọdịghị ebe ahụ, a nụrụ m ihe o kwuru. Ọ tụrụ onwe ya aka m̀gbè ọ nọ nekwu maka imebisi ụlọ Nsọ. Ọ dịm ka ọ nọ nekwu maka ahụ ya nke a gemebi.


Akpala m ọchị. Kedụ ka o gesi wughachi anụ arụ ya ma abali atọ gasịa?
Amaghị m otu o gesi wughachi Ụlọ Nsọ n'ime abali atọ.


Ọ bụ na ị naghị anụ ka ha si atụ gị aka? Ọ bụ na ị gaghị ekwuchitere ọnụ gị?


Jizọs gbachiri nkịtị.
Onye iberibe a gbachiri nkịtị.


É nye m gị iwu site na Chineke nke di ndụ ka Ị saa m ajụjụ a. Ị bụ Kraịst okpara Chineke nke di ndụ?
A bụ m Ọkpara Chineke. Ma Ị ga-ahụ ka m nọsị n’aka-nri nke ikike-ukwu ṁgbè m ga-alaghachi ụwa n’igwe ojii nke eluigwe.




Matiu 26:59-65


Lee ma o gebu amụma.
Tie ya ihe! O mebisịrị ịzụ ahịa ányī n’Ụlọ Nsọ.
Sị ya rụọ ọrụebụbe.


Tie ya
ihe ọzọ!


CRACK!
Lee ka o jụrụ oyi ka mmiri.
Whop!
Buo amụma gwa ányị̄ onye tiri gị ihe. E chere m ma ị bụ onye amụma.
Gwọọ onwe gị. Gosi ányị̄ ọrụebụbe.


Ama m gị. Ahụtụla m gị na nwoke ahụ Jizọs. Ọkwa ị bụ otu n’ime ndị-neso-ụzọ-ya?
Ṁgbè ihe a nile n’eme. N’ezi obi nke onye isi ndị-ñchụ́-àjà, Pita sororo Jizọs site n’ebe dị ányá.
Amaghị m onye bụ Jizọs. Achọrọ m ihu ihe n’eme nu.





Matiu 26:67-70; Luk 22:64-65


E, ị bụ otu n’ime ndị-neso-ụzọ-ya. Ahụwo m gị na ya ugboro ugboro.
$?!#&!, nwányị̄,ahụtụbeghị m nwoke ahụ mbụ na ndụ m.


KUKURUUKUU
KUKURUUKUU
Ọ bụ na i cheghị na ọkụkọ ahụ n’ebe ngwa ngwa karịa oge o kwesịrị?
Ha na-akpọpụta ya. Ọ dịka ha tiri ya ezigbo ihe.


Ha kwuru sị ka ányị̄ kpọgara ya ndị ọchịchị obodo ka ha kpe ya ikpe.
Ndị ihu abụọ nke abụba juputara n’ahụ chọrọ ka onye ọzọ rụọrọ ha ọrụ ọjọọ ha.
Nye ya utarị.
Pita nụrụ ọkụkọ ahụ bere akwa ma chete ihe Jizọs gwara ya, na tupu ọkụkọ ebe akwa ugboro abụọ na ọ gagọnarị ya bụ Jizọs ugboro atọ. Ihere wee bịa ya n’ihi oke ụjọ ya.
Matiu 26:71-75, 27:1-2, Luk 22:58-62, 23:1


Tinye ya koboko ahụ n’arụ.
Chineke gịnị ka m mere? Agọnarị m ya ugboro atọ dịka o si kwuo. Ọ bụ gịni neme? Kedụ ihe mere o ji na-ata ụdị ahụhụ a?
Bịa nso. Ányī enweghị abalị nile.
Nna nye m ike.


Ọ bụ gịnị ka ị chọrọ ebe a? Ọ bụ na ego ị naara we rapụta Nna-gị-ukwu ezughiezu?
Agbanweela m obi mụ. Hapụnụ ya ka ọ laa. M genyeghachi unu ego unu.
Ọ bụ ego ọbara na-adịghị ọcha. Nna-gị-ukwu ga-anwụ tupu ụbọchị a, agasia. Egwu atụla gị, I genyere ányị̄ aka jidesie ndị ọzọ.


Were ego gị. Achọghị m ya. Enweghị m ike ibi ndụ n’ikpe-ọmụma m.
CLING!
PING!




Matiu 27:3-6


Agaghị m ebi ndụ otu a.


Chineke ọ bụ gịnị mere m?


Ọ bụ gịni mere ejidelighị m akpiri m?


O nwere ike ọnwụ genye m udo.


A hụrụ m ya mana onweghị ihe m gemeli ikwusi ya.
Mee ngwa ka ányī gbutuo ya, o nwere ike o ka dị ndụ!


Mana ka ha nọsị na-arigoro osisi ahụ, mkpụrụ obi Judas adabawo n'ime ọkụ ala mmụọ.




Matiu 27:5


Ebe o nọ di ányá!


Ihe nke a sọrọ oyi! Afọ ya gbawara wusịsịa ebe nile.
Ugg! Ihe nke a neenu agbọọ.
Nke a kwa ka e buru n’amụma.


Kedụkwa nke unu kpọtara m onye jụrụ okwukwe unu ọzọ? Kpọrọ ya jee mee ka iwu unu sị.
O kwesịrị ọnwụ, ọ bụ ya mere ányị̄ jiri kpọta ya. Ị narala ányị̄ ike nke iji nkume tugbụe ndị nkwulu. Ányị̄ bịara ị chọ ikike.
Kedụ ihe ọjọọ o mere?



Ọ na-asị na ya bụ eze.
Ị bụ eze ndị Ju?
Alaeze m abụghị nke ụwa, ma ọ bụghị ya ụmụ ọlụ m gara aluso unu ọgụ iji debe mụ ndụ.


Ị bụ nụ eze?


A bịara m n’ime ụwa ịgba-akaebe nyere eziokwu. Ndị nile bụ ndị eziokwu nege ntị n’ihe m nekwu.





Zekaraịa 11:12-13; Matiu 27:8; Mak 15:14; Luk 23:1-4; Jọn18:29-38; Ọlụ ndị-ozi 1:18




Koboko ahụ bụ ụtarị nwere osisi ebe aka ya, nke ruru inch iri-na-asatọ. O nwekwara eriri itoolu nke eji akpụkpọ anụ wee mee. Ogologo ha bụsi 13fit. Akụnyekwara ya nkume na ọkpụkpụ na igwe ndị piri-api, n’onu eriri ahụ.


Uaaaa!
Pịa sie ya ike!
CRACK!
Kedụ ndị enyi ya ugbu a?
Ọ rịọbeghi ka e mere ya ebere.
Nke a kwesịrị igbu ya ka ányị̄ zuoro ọrụebube ya ike.




Luk 23:11; Jọn 19:1-2


Anụ azụ ya ekperisiwo!
Ọ masịrị m na m ma-akụ Eze ụtarị.


Ọ sị n’ọbụ eze yiwe ya uwe odo odo.
Eze kwesịrị okpu-eze ya.


Ha, ha, ha.
Nke a ga-abụ okpu-
eze dị mma.
Ouch!


Lee ya were mkpanaka gị nnukwu madụ.Ha, ha, ha!
Kpukwasa ya okpu-eze ahụ ka ọ dị mma sie ike.


Ányị nechi gị Eze ụwa nile.
Aauuuuhhhhh!


Ugbu a kwụrụ ọtọ ọfụma.
Welie mkpanaka gị, Eze.
Ha, ha! Eze ị ga-adị.
É, ruo m̀gbè ndịda ányánwụ ma o nwee ihụọma.

Jọn19:1-3


Eze Ndị Rom adighị ebụ afọ-ọnụ.


Ugbu a ka i yiri eze.


Ọdịghị akpa
aṅụrị. O kwedighị arịọ
ka e mere ya ebere. Ka
ányị̄ kpọghachiri ya
pilate.



Lekwe Eze unu.
Ányī e nweghị Eze ma ọ bụghị Siza.
Leenu nwoke a ányá. Kedụ ihe unu chọrọ ka mụ mee ya.
Kpọgide ya n’obe! kpọgide ya n’obe!


Unu kpọrọnu ya jee gbuo. Mana ahụghị m ihe ọjọọ nke o mere.


Kedụ ihe nke ahụ pụtara na o meghị ihe ọjọọ? Ọ sị na ya bụ Ọkpara Chineke.




Abụ Ọma 22; Aịzaịa 50:6, 53:5,7;
Luk 23:13-22; Jon 19:4-8


Onye ka ị bụ? Ị chọghị ịzam? Ọ bụ na ị maghị na mụ nwere ike igbu gị?
Ị gaghị enwe ike ọ bụla ma ọ bụrụ na Nna m bi n'elu enyeghị gị ya.


A gwa m unu, ahụghị m ihe ọjọọ nke nwoke a mere. Aga m ahapụ ya.
Ị hapụ ya, nke ahụ pụtara na ị bụghị enyi Siza.
Kpọgide ya n'obe! kpọgide ya n'obe!
Kpọrọ ya nụ jee mee ka unu si chọọ. Aga m edeputa akwụkwọ nke nekwu ihe o mere. Mara kwanụ na ọbara nwoke eziomụme a, adịghị m n'aka.





Matiu 27:24; Jọn 19:9-17


Ọ dị m ka ọ gwuwo ya n’ahụ.
THUD
CRUNCH


Kulie, ma ọ bụghị ya m nye gị utarị.
Bịa, gịnwa! Nyere nwoke a aka buru obe ya.
*Kedụ ihe o ji bụrụ m?*


Kedụ ihe o mere?
Ọ hụrụ madụ dum n’ányá.


O Jizọs, ahụhụ gị wutere ányị̄.
Umụada nke Jeruselem. É bere la m akwa. Berenu onwe unu akwa ya na ụmụ unu. Maka na oge n’abịa m̀gbè ndị nọ na Jeruselem gezo n’ihi egwu ma nekpe kwa ekpere ịnwụ.





Matiu 27:32; Luk 23:26-33


Were ṅụọ, o gebelata ihe mgbu.
Mba. Aga m emezu mmasị Nna m.
Ọ ka chere na ọ bụ Ọkpara nke Chineke.


Dọtịa ya.
Wete hama na ntu.


Jidesie ya ike. Ọ ga-alụsa ányị̄ ọgụ n’ụda nke mbụ. Jide ya otu ebe ruo m̀gbè ntu ahụ bara n’etiti ọkpụkpụ ya ma n’ime osisi.



Mba! Nwa m nwoke!
Bam!
CRUNCH!




Abụ Ọma 22; Aịzaịa 53; Matiu 27:33-34


Jide ụkwụ ya ahụ otu ebe.
Nke a negbu oge ị kụba ntu ahụ
n’etiti ọkpụkpụ ya


O Meri, echeghị m ma m gedinwu ya.
Ọdịghị m̀gbè ọ gbatara m n’uche na ihe ga-adapụta otu a.
**Dọọ ya nụ ndị iberibe.**
Bịanụ tinye aka ebe a, ézì umengwu.




Zekaraịa 13:6;
Luk 23:32-34


Lekwe efe ya. Aga m ewere nke a.
Mba , kama ka ányī kee ya ụzọ anọ.
Ányī gefe nza maka nke ahụ.
Ányị agaghị adowali ya, a kpara ya akpa.
Akwụkwọ Nsọ buru n’amụma sị na ha gekewasị otu uwe n’etiti ha ma fee nza maka nke ọzọ.


Onye ọnụ ọgụ ya kasị gewere ha ncha.
Lekwa Leo, ọbara na-atasị gị n’ahụ.



*Ọ zopụtara ndị ọzọ mana ọzọpụtaghị onwe ya.*
Ehen, Jizọs ị sị na i gemebisi Ụlọ-Nsọ ma wughigha ya n’ụbọchị nke atọ? Zọpụta onwe gị ma si n’elu obe rituo.
Ka onye nke Chukwu tere mmanụ, Eze ndị Izrel si n’elu obe ritụọ ka ányī kwere na ya.
**Aghụghọ!**
O kwere na Chukwu ga-azọpụta ya. Ka Chukwu zopụta ya ugbụ a ebe ọ neme ihe na amasị Chukwu.
Abụ Ọma 22:18; Matiu 27: 39-43; Jon 19:23-24


Were ṅụọ ka o melata ihe mgbu gị.
Mba.



Ọ bụru na ị bụ Ọkpara nke Chineke, si n’ebe ahụ rịdata ka ányị̄ gbuo ụfọdụ ndị rom.
Ọ bụ gịni mere i ji an̄ụ iyi otu ahụ? Egwu Chineke ọdighị atụ gị ṁgbè Ị maara na ị ga-anwụ?


Ányị̄ kwesịrị ihe ányị̄ nenweta mana nwoke a adịghị ihe ọjọọ o mere.
Jizọs chetekwa m m̀gbè ị ga-aba n'alaeze gị.


Tata, mụ na gị ga-anọ na paradaịs.




Abụ Ọma 69:21; Luk 23:36-43: Jon 19:25-27


Eluigwe gbajiri dịka n’abali, o we nogịde
otu ahụ ruo ṁgbè awa atọ Jizọs nọ n’obe. Ọ
bụ awa nke ọchịchịrị. Nwoke ahụ bụ Kraịst
Jizọs nọ na-anwụ maka mmehie ụwa nile.

Ǹgbè ibụ nke mmehie nile dakwasara Jizọs o wee tie:





Chukwu mere ya ka o bụrụ mmehie n’ihi ányị.
Matiu 27:45-50; Luk 23:44-46; Jọn 19:30; 2 Ndị Kọrịnt 5:21
Nna, n’ime aka gị ka m netinye mmụọ m.
Oh Jọn, o jewo ịnwụ! Ọ dịrịghị m mfe ikwete na n’ezie o jewo ịnwụ!
O MEZUWO!
O we nwụọ.


Na mberede, nnukwu ala-oma-jijiji we mee.
Kedụ ihe neme nu? Nke mbụ eluigwe gbajiri dịka n’abalị ma ugbụa, ala na-ama jijiji.
Ọ bụ Jizọs Eze ndị Ju. Ọ na-arụ ọrụebụbe.
Ọdịghị ọrụebụbe ọ na-arụ ugbu a ọ nwụrụ anwụ.


Anwụ achawo ọzọ.
ụbọchị a nwere otu ọ dị.
E, mana ihe nile
a mere m̀gbè nwoke a
nwụrụ.


N’ezie nke a bụ Ọkpara nke Chineke.


E nyere ányị̄ iwu sị gbajie ha ụ̀kwụ́. Ha chọrọ ka ha nwụọ ngwa ngwa kebutuo ha tupu chi ejie. Echi bụ otu n’ime ụbọchị nsọ ha.
E buru ya n’amụma na ọ ga-anwụ n’elu obe. Nakwa na ọdighị ọkpụkpụ ya nke a ga-agbaji. Nke a mezuru.
Ọ baghị uru igbaji onye nke a ụ̀kwụ́, ọ nwụgo. Ị nụrụ ihe o kwuru tupu ọ nwụọ? Ọ sịrị Nna ya gbahara ányị̄ maka na ányị̄ gburu ya. Ha kwuru na ọ bụ nwoke nsọ nke na-arụ ọrụebụbe.




Abụ Ọma 34:20; Zekaraịa 12:10;
Matiu 27:54; Jọn 19:31-37

Ya mere ndị agha jiri hapụ Jizọs je gbajie ụ̀kwụ́ ndị ohi abụọ ahụ.


Iheọma ka ha mere ghara igbaji ya ụ̀kwụ́.
Meri, ka m je hụ ma o nwere onye genyere ányị̄ aka maka ili ya.


Izu Sabat gebido m̀gbè chi jiri ma chi nọ neji n’ike n’ike. Ha kwesịrị ime ọsọsọ tinye ozu ya n’ili.


Jọn 19:31,38
Sabat neru. Ka ányị̄ nyiwe ya n’ili ọhụrụ nke m.
Joseph, nwoke bara ọgarányá, na-abụghị otu n’ime ndị-neso-ụzọ-ya wee nye ha ili nke ọ kwadobere onwe ya ka ha lie ya.
Nke ahụ di mma Joseph. Ị bụ nnoo ezigbo madụ.



ISI 12

# Mbilite n’ọnwụ na ọgbakọ Ndị Kraịst nke mbụ.


Unu ma na ọ gwara ányị ọtụtụ m̀gbè na ihe a na-aga ime. O kweghị m ịghọta ihe nke a pụtara. Ọ di nnọọ ka ọ chọrọ ịnwụ otu a. Ọ ma m̀gbè ọ geme na ihe nile. Ọ gwakwara ányị ọzọ n'abali ụnyahụ.
Mee nụ ọsọ ọsọ chi nahụ eji.


Ányị̄ enweghi efe kwado mmanụ a gete ya.
Ányị̄ ga-alaghachi m̀gbè oge Sabat gasịrị.
Mana oge ahụ ga-abụzi abali atọ site ugbu a
O nweghị ihe ọzọ ányị̄ gemeli.
Batanụ n’ebe a, kpachara ányá maka ndịda.


Ndị-ṅchụ́-àjà wee laghachi na nke Pailet
Onye Isi, nwoke aghụghọ ahụ nke ị kpọgburu n’obe sị na ọ gebilite n’ọnwụ m̀gbè ụbọchị atọ gasịrị.
Ọ ga-abụ ihe mwute ma ndị-neso-ụzọ-ya baa n’ime ili ahụ bụrụ ozu ya. Ị kwesịrị idebe ndị nche n’ọnụ ili ahụ ka nke a ghara ime.
Aga m edebe ndị nche. Mee ka nchebe unu sie ike




Matiu 27:59-66; Jọn 19:40


Egwu atụla gị n'ihi Mezaya gị nwụrụ anwụ igbafu. Ozu anaghị efunara ányī. Ndị ikom, ọ bụ eziokwu?
HA,HA,HA!


N’ụbọchị nke atọ ṁgbè é liri Jizọs.
Nke a bụ mbụ ányị̄ n’eche onye nwụrụ anwụ nche.
N’oge na adịghị ányá, chi ga-abọ ka ewepụ ányị̄ n’ọrụ a.


Chi agawo ifo, ka ányị̄ mee ngwa ngwa. Nke a bu ụbọchị atọ ya.
Ọ gaara adị mma ma ọ bụrụ na ányị̄ mere ihe a keǹgbè.




Matiu 28:1-2; Luk 24:1


Ọ bụkwa nke nnukwu.
Lee ka ndị ikom ahụ n’eti mkpu. Ọ ga-abụ na otu n’ime ha emerụwo arụ.


Kedụ nke...?
ARGHỊ


Ọ bụkwa nụ chi o!
Ọ newepu nkume ahụ!
Ọ gegbu ányị̄!
Nne nke Chukwu mere ányị̄ ebere!




Matiu 28:2-4


Nkume ahụ buru ibu. Kedụ ebe ányī ga-achọta ndị ikom gebupụ ya?
Amaghị m. mana o ruwo ụbọchị atọ na abali atọ. Ozu ahụ gesi isi maka na ányī eteghị ya ude.
Ha amaghị na ndị agha nọsị neche ili ahụ nche.


Ṁgbè nkeji ole n’ole gasịrị
Madụ ewepuwo nkume ahụ!


Ozu ya anoghị ebe a. ọ dịghị ihe di n’ime ili a!



O! Ị bu onye? Kedụ ebe ozu Jizọs nọ?
Lekwe uwe ili ya!
Ya ejula unu ányá...a mara m na unu na-achọ Jizọs nke akpọgburu n’obe. Ọ noghị ebe a. O biliwo n’ọnwụ di ka o kwuru.
Bịanụ hụrụ ebe o dinaburu ma jeenu gwa ndị-neso-ụzọ-ya na ọ gezute ha na Galili.


Jizọs dị ndụ! Ị sị na o biliwo n'ọnwụ dị ka Lazros!
Ndị ikom ahụ bụ ndị mmozi!
Mee ngwa ka ányī je gwa ndị ọzọ.
**Jizọs dị ndụ!**
Mak 16:3-8


Jizọs dị ndụ! Ányị̄ si n'ili ya we bia.
Ányị̄ chetere na o kwuru sị na ọ gebili n'ọnwụ n'ụbọchị nke atọ.
Ndị mmozi ahụ kwuru na Jizọs gezute unu na Galili.
Jizọs anọghị ebe ahụ mana ndị mmozi nosi ebeahụ.


Pita, kedụ ebe i neje?
N'ili ya.


Jọn sokwara ya mana gbafee ya n’ọsọ.
Jọn chere m, agaghị m agbanwu ọsọ ka gị.


ọ dịghị ihe dị ebe a!




Jọn 20:2-9


Jọn, atọghị uwe ili ya atọ. Ọ di nnọọ ka ọ di m̀gbè é kere ya n’ahụ ya. Dị ka o si n’ime ya mịpụta wee pụọ.
Mba, ọ pụghị ime.
Mana kedụ ndị mmozi? Ọ di ka ndị inyom ahụ amaghị ihe ha hụrụ.


Unu ahụrụ ndị ikom ahụ yi uwe ọcha?
Ányị̄ ahụghị ndị ikom ma-ọbụ ndị mmozi. Ọ dịghị ihe no ebe ahụ. Ozu ya efuwo.


*Sniff, Sniff.*
Nwányị̄ ọ bụ gịni mere i ji ebe-akwa?


Maka na ha eburuwo onyenwem, ma amaghịkwa m ebe ha bu ya wee je.


Meri.


Nna-
m-ukwu!


Meri. Emetụla m aka ugbu a maka na ejebeghị m hụ nnam. Mana je gwa ndị-neso-ụzọ-m ihe ị hụrụ. Gwa kwa ha na m gezite ha na Galili.
Onyenweányī, ị dị ndụ.

Jọn 20:7-17


Ndị-neso-ụzọ-ya ekweteghị akụ̀kọ́ na Jizọs ebiliwo n’ọnwụ.
Ọ dịghị ihe Pita na Jọn chọtara n’ili ya. Ọ na-adị m ka madụ zuuru ozu ya wee pụo. Ndị inyom isi-mgbaka ahụ ga-akwụsị ihe ahụ ha nekwu. Ọ na-akpali madụ nile.
Ányī ga-alaghachi Emos, ọ dịghịkwa ihe ányī neme ebe a.


Nke a bụ ụbọchị atọ ya.
E, mana gịnị mere o ji kwere ka ha gbuo ya ma ọ bụrụ na o gemecha site n'ọnwụ bilie?
E, ma kwa ọ bụrụ na ọ chọrọ ibụ eze, ọ garaghị eme ihe nile a na nzuzo, ọ bughị ya?


Ọ bụ m soro unu?
Whụuu! I mekere m ụjọ. Kedụ ebe i si pụta?
E, ụbọchị dị mma njem.


A nụrụ m ihe unu nọ nekwu ka m na-abịa. Ọ dị mwute.
Ọ bu na ịnụghị ihe mere nụ n’ụbọchị atọ gara aga gbasara Jizọs nke Nazaret?


Ányị̄ nwere olileányá na ọ bụ ya bụ Mezaịa, mana ha kpọgburu ya n’obe.
N’ụtụtụ a, ụfọdụ n’ime ndị inyom ányị̄ jere n’ili we chọpụta na ozu ya nefu efu! Mana ha na asịkwa na ha hụrụ ndị mmozi sịrị na Jizọs dị ndụ.




Abụ Ọma 22; Zekaraịa 13:7; Luk 24:13-26


Jizọs onye Nazaret nke ahụ ha kpọgburu n'obe sịrị na ọ bụ Kraịst, sikwa na ya na nna bu otu ihe, ọ bụ na ọ bụghị ya? Aịzaịa kwuru sị na a ga-akpọ Kraịst “Chukwu dị ike, nna ebighiebi.” Ọ bụ na Jizọs agwaghị unu si na onye hụrụ ya ahụwo nna? Ihe nile o kwuru di n'ime akwụkwọ nsọ.




Aịzaịa kwukwara sị na Kraịst ga-abịa ṁgbè a nenweghị eze ndị Ju n’Izrel ma-ọbụ Judah. Ọ bụ kwa ṁgbè ahụ ka ọ sị na nwányị̄ na-amaghị nwoke ga-atụrụ ime ya wee mụọ ya. Dịka onye amụma Maịka, a ga-amụ ya na Betlehem nke Judịa bụkwa ebe a mụrụ Jizọs.
ọtụtụ amụma na-agwa ányị̄ si na ọ gesi n’agburu devid, eze ndị izrel gara aga. josef na meri nwunye ya si n’agburu devid.


Onye amụma kwuru sị na Kraịst gemepe ánýá ndị isi, toghapụkwa ndị nọ na nga, na ọ ga-abụ onye ọzụzụ atụrụ nyere ụmụ Izrel, biakute Zaịọn dịka onye nzọpụta ha.


Aizaịa buru
n’amụma sị na Izrel ga-ajụ
ya. Onye amụma ahụ hụkwara
ntaramahụhụ ya, hụkwa na enyi ya
ga-arara ya nye ndị gegbu ya ma nara ha
mpekele ọlaọcha iri-atọ. O kwuru sị na
Kraịst agaghị azọ onwe ya n’ihụ ndị na-
atụ ya aka. A gemerụsị ya ahụ, dọpụ afọ-
ọnụ ya, gbaa ya ọtọ, bụọ ya asọ n’ihụ.
O genyekwa ndị neti ihe azụ ya ruo
m̀gbè ụdịdị ya ga-ajọ njọ karisịa
nke madụ ọ bụla.


Onye amụma Zekaraịa gwakwara ányị̄ sị na a ga-asụnye onye nzọpụta ihe n’arụ mana ndị enyi ya geti ya ihe ma kpopụo ya aka. O si na-aga edu ya di ka atụrụ jee gbuo, ma na a geli ya n’ili ndị ọgarányá.


Mana nke a abụghị odachi nke ọ nenweghị ike ọbụla ịgbanwe. Jizọs n'onwe ya ọ bu na o kwughị sị na ọdịghị madụ ọ bụla na-anara ya ndụ ya, kama na ya onwe ya nenye ndụ ya? Aịzaịa kwuru sị na ọ masịrị Chineke ị merụ nwa ya ahụ maka na mkpụrụ obi ya bụ àjà nke mmehie. N'ihi mmehie ndị ọzọ ketiri ya ihe, obuuru mmehie ọtụtụ madụ ma ọnwụ ya gemekwa ka ọtụtụ madụ bụrụzie ndị aka ha dị ọcha.
N'ime nke a nile, ọnwụ abụghị ngwụcha ya. Aịzaịa hụrụ na ndụ ya ga-aganiru m̀gbè ọ nwụsịrị. A gebuli ya elu ma too ya. Ọ ga-adi elu kachasị elu ma nzọpụta ya geru ụwa nile. Ọ gaghị ada, kama Mezaịa ga-abụ ọgbụgbandụ ọhụrụ.




Abụ Ọma 22:15,41:9; Aịzaịa 7:14, 16, 9:6,11:4,40:11, 42:4,6-7, 45:23, 49:6-7, 50:6, 52:13-14, 53:1, 3, 5, 7, 9-10, 12, 59:20; Jeremaịa 23: 5-6; Maịka 5:2; Zekaraịa 11:12-13, 12:10, 13:6-7; Jọn 10:18


Ebe a ka m bi. Biko onye isi, ehihie agawo, bịa ka ányī na gị nọrọ n'abali a. Ọ ga-amasi m inụ amụma ndị ọzọ e bụrụ maka Kraịst.


Onye isi, ọ ga-amasi ányị̄ ma ị gozie achịcha nke a ányị̄ chọrọ iri.


Ngozi dịrị gị Onyenweányị̄ na Chineke , Eze ụwa nile, nke n’esite n’ala wepụta nri. N’ihi achịcha nke a, ányị̄ nenye gị ekele.


Werenụ rie.
Nna-ányị-ukwu!
Jizọs! Ọ bụ gị.


O misiela!
Ọ pụọ!
Oge a nile ọ bụ Jizọs!
O jughị kwa m ányá na
ọ mara amụma nile ahụ.


Jizọs dị ndụ! Ọnwụ a dighị ike ijide ya! Ọ dị ndụ! Ka ányī laghachi Jeruselem je gwa ndị ọzọ.

Luk 24:28-32

Ka nke a neme,
ọzọ kwa nọ neme
na Jeruselem...




O kwuru sị n’ụbọchị nke atọ na ya gebilite n’ọnwụ.
Agaghị m ekwete na ọ dị ndụ ruo m̀gbè m ji ányá m hụ ya ma rụnye kwa mkpịsị aka m n’ime mkpọpu dị n’aka ya.


Ọ bu onye mmụọ!
Ọ bụ Jizọs!
NYERE M AKA!
Egwu atụla unu. Tọmọs, ị sị na ịgaghị ekwete ma ọ bụghị na ị hụrụ m. Ugbu a, were mkpisi aka gị tinye n'aka m metụkwa ebe ntu kpọpuru ma bịa metu aka n'akụkụ m, ebe m merụrụ ahụ.


Ị bụ Onyenwem na Chineke m.
Tọmọs, Ị bụ onye agọziri agọzi maka na ị huwo ma nwee okwukwe. Mana ndị ahụbeghi ma kwere na m ga-adị ngọzị karịa.




Luk 24:36-43;
Jọn 20:26-31


Unu geje gwa ndị-n eso-ụzọ-m nile ka ha je zite m na Galili. Aga m agwa unu okwu ebe ahụ.
É dere ya ogologo afọ gara aga n’akwụkwọ nsọ na Kraịst ga-ata ahụhụ n’ihi mmehie unu ma bilite n’ọnwụ n’ụbọchị nke atọ. É kwukwara sị na a ga-agbasa ozi-ọma n’aha ya n’etiti ụwa nile bidoro na Jerselem.





Matiu 28:18-20; Luk 24: 44-49; Jọn 14:2-4


Jeenụ Jeruselem chere ka Mmọ Nsọ bịakwasị unu ma nye unu ike i gbasa ozi-ọma n'aha m.
Ọ na-agbago elu!
Ọ na-alaghịachiri Nna ya.


A nọnyere m unu ruo m̀gbè ụwa gebi.
O na wo. Ọ laghachiri eluigwe.


Kedụ ihe mere unu ji nọrọ ebe a nele ányá n'elu?
Gịnị? Onye bụ onye ahụ?
Ọ bụkwa ndị mmozi nke ányī hụru n'ili Jizọs.



Otu ụbọchị, Jizọs ga-abiaghịachi n’igwe-oji di ka o si la.
Ọ laghachiworo Nna n’eluigwe.
Laghachinụ Jeruselem, chere onyinye nke Mmọ Nsọ.
Luk 24:49-51; Olu ndị-ozi 1:7-11


Ndị-neso-ụzọ-Jizọs jere Jeruselem dịka Jizọs nyere ha iwu. Ebe ahụ ka ha garaniru nekpere ruo ụbọchị iri. Ha nọsi neche ike si n’elu nke e kwere ha na nkwa. Egwu nọ na-atụ ha n’ikwu maka mbilite n’ọnwụ Jizọs. Ha achọkwaghị ka e gbuo ha.


Ebe ha nọ bidoro na-ama jijiji,
oke ifufe fewe n’ime mkpuru ahụ
di ka ire ọkọ n’ere ere bịakwasara
n’elu ha nile n’otu n’otu.


Ha jupụtara n’ike Mmọ Nsọ ma bidokwa ife Chukwu n’asụsụ di iche iche nke ha na-amaghị.


M̀gbè Mmọ Nsọ bịakwasịrị ha, ụjọ nke madụ pụrụ ha n’arụ. Ha wee pụọ na mkpuru ahụ n’efe Chineke ma neto kwa ya n’ezi, n’ihu ọha madụ.
Ekele diri Chineke na Nna nke Onyenweányī Jizọs Kraịst.
A gara m asị na ha nile ñụrụ mmányá mana ha na-asụ asụsụ m kpom kwem nenweghị uda-olu.


Ọlụ ndị-ozi 1:12-14, 2:1-13,32,36
Ha na-asụ kwa asụsụ m. Kedụ m̀gbè ha jiri mutachaa asụsụ ndị a nkeọma mbụ ndị a nejeghị akwụkwọ?
Unu bu ụmụ Izrel. Unu hụrụ ọrụebube nke Jizọs rụrụ n’etiti unu. Nke ahụ bu njirimara na Chukwu nonyere ya. Ọbụladi na unu kpọgburu ya n’obe, Chukwu mere ka o si n’ọnwụ bilie.


Otu puku afọ nke gara aga, Devid buru amụma gbasara ya we si, “Ị gaghị arapụ mkpụrụ obim n’ala mmụọ ma-ọbụ ikwe ka onye nsọ gị ree ure.”
N’ihi nke a, ka ụlọ nile nke Izrel mara n’eziokwu na Chukwu emewo otu Jizọs ahụ nke unu gburu, ma onye nwe ihe nile, ma onye nzopụta ụwa nile.


Kedụ ihe ányī geme ebe ọ bụ na ányị egbuola onye nzọpụta ányị?
Tugharia nụ uche unu maka Jizọs ma nubere ya isi n'idotu na mmiri. Ọ ga-agbahara unu mmehie unu ma nyekwa unu onyinye nke Mmọ Nsọ.


Jizọs bụ onyenwem.
E kwere m na Jizọs, dotu mụ na mmiri!
E doro ndị ahụ ji obi añụrị nabata okwu Chukwu na mmiri: ma n'ime ụbọchị ahụ ihe dịka madụ puku atọ nabatara Jizọs na ndụ ha.


Ṁgbè ọtụtụ afọ gasịrị...
Ọ dị nnọọ ka echi gara aga ka ányị̄ na Jizọs nọ ebe a.
E, mana ị mara na ọ dị m ka ọnụnọ ya siri ike ugbu a karịa nke m nwere ṁgbè ahụ ya na ányị̄ jere ije.
Ọ dizi ọtụtụ puku madụ ndị neso Jizọs. Ányị̄ n’ejupụtasị ṁgbè awa ṁgbè awa.
Abụ Ọma 2, 16:10;
Olu ndị-ozi 2:27, 37-41


Biko nụ ndị isi, nyetu nụ nwa ogbenye dara ngwọrọ obere ego.
Peter, ejighị m ego ọbụla ma ọlị. O nwere ego i ji?
Mba, mana keṁgbè Mmọ Nsọ bịakwasara ányị̄, ányị̄ nwere ihe ányị̄ genye ya.


E nweghị  m olaọcha ma o bu olaedo. Mana aga m enye gị ihe m nwere. N’aha Jizọs Kraịst, bilie ọtọ jee ije.
Enwekwala obi ọjọọ, kem̀gbè a mụrụ nwoke a, ojetubegị ije. Ukwu ya abụọ kpọnwụrụ akpọnwụ.


Jizọs Kraịst agwọwo gị.


Gasp!
Onyenwem onye di ike!
Ukwu ya netopụta!


O kweghị m ikwete. Nwoke ngwọrọ neje ije.
Otuto diri Chineke! Jizọs ekelem gị!
Mba, ọ na-awuli elu.
Olu ndị-ozi 3:1-11


O bu ya bu nwoke ngwọrọ ahụ ukwu ya abụọ di ntakiri ma kpọnwụo.
Kedụ nke unu nele ányị̄ ka a gasi na o bu ányị̄ ruru ọrụebube nke a? chineke nke Abraham, Aizik na Jacob ebuliwo okpara ya Jizọs nke unu kpọgburu n’obe.
Ha si na-agwọrọ ya n’aha Jizọs nke akpọgburu n’obe.
Unu gburu onye isi nke ndụ mana Chukwu kpoliri ya n’ọnwụ. Ányị̄ hụkwara ya ka o di ndụ. O bukwa site n’okwukwe na-aha Jizọs ka nwoke a jiri nweta onwe ya.


A mara m na unu amaghị ihe unu nụ neme oge unu kpọgburu Jizọs, mana ndị amụma doro ányī aka na nti na ihe ndị a gemezu.
Unu nile mara na o bu so Chukwu genyeghịachili m ukwu m. Nweenụ okwukwe ma soro Jizọs.


Gbanwenụ obi unu gbasara Jizọs ma bianụ bụrụ ndị-neso-ụzọ-ya ka o wee sachapụ mmehie unu.

Otu ndị isi okpụkperechi ahụ, ndị kpọgburu Jizọs n’obe, wee dunye ndị agha ka ha jide Pita na Jọn.




Olu ndị-ozi 3:12, 14-19,4:1-3


Ọ bụ ọrụebube dika Jizọs ruru m̀gbè ọ nọsi ebe a.
É nwere m agbataobi sị na ya hụrụ Jizọs m̀gbè o biliri n'ọnwụ. Ha sị na o gosịrị onwe ya nke madụ puku ise hụrụ ya n'otu ugboro.
Ugbu a ha nejide ndị ngwọrọ maka na he jere ije.
A na m eje ịchọ ndị-neso-ụzọ-ya ndị ọzọ ka ha gwatukwuo m maka nke a.




Ọlụ ndị-ozi 4:3-6


Ányị̄ mara na nwoke a bụ onye ngwọrọ site na m̀gbè a mụrụ ya. Kedụ otu unu sịrị gwọọ ya? Kedụ aha unu jiri mee nke a?
N’aha Jizọs Kraịst nke Nazaret, nke unu kpọgburu n’obe, nke Chineke kpolitere n’ọnwụ ka ányị̄ gwọrọ nwoke a. Chetenụ na akwụkwọ nsọ sị, “Nkume nke ndị newu ụlọ jụrụ ga-aghọ isi nkume ụlọ.”


Ma ọ dịghịkwa nzọpụta nọ n’aha ọzọ ọbụla nọ n’okpụru eluigwe nke e nyere n’etiti madụ nke ga-azopụta ha.



Umu nwoke a kwesịrị ibụ ndị na-amaghị ihe ọbụla. Ha agụghị akwụkwọ.kedụ ka ha si maracha ihe ndị amụma kwuru.
O nweghị uru ọ bara igonarị ọrụebube a. Madụ nile ma na Chukwu gwọrọ nwoke ahụ. ha makwa na ọ bu ndị-neso-ụzọ-Jizọs mere ya n’aha ya. Ányī nwere ezigbote nsogbu ebe a.
A matara m ihu ha. Ha na Jizọs nọrọ.


Abụ Ọma 118:22;
Olu ndi-ozi 4:7-21
Chụpụ ha n’iro!
Unu na-aga n’ihụ nekwu okwu ma ọ bu na-agwọ ọrịa n’aha Jizọs a nwụrụ anwụ, unu ga-akpọ ihụ n’otu ihe ahụ mere ya. Unu a na-aghọta? Ugbu a si nu n’iru m pụọ ma ekwela ka m nụ okwu nzuzu a nke gbasara mbilite n’ọnwụ ọzọ.
Gị, tuzie nke ka mma n’ányá Chineke; ọ ga-abụ ịsọpụrụ unu bu madụ ka ọ bụ ịsọpụrụ Chineke kere madụ? Ányī ga nekwu ihe ányị hụru ma nụ kwa.


Ozi-ọma fesara n’Izrel nile. Ọtụtụ ndị kwere na Jizọs, É doturu ha n’ime mmiri.
Nzụkọ-nsọ ahụ wee ghọrọ ezinụlo nke ọtụtụ puku madụ jupụtara n’ihụnányá na udo.
Ị nụtụla ozi-ọma Jizọs Kraịst?
A kpọlitere Jizọs n’ọnwụ. Ọ dikwa ndụ. Ányị̄ na ya nọ ọbụna ugbu a.



N’ọgbakọ ndị kwere na Kraịst, a na-akwanyere ụmụ nwányị ugwu ma sopụrụ ha.
Keṁgbè ezinụlo m kwere na Jizọs, nke a bụ mbụ udo na-adi n’ụlọ ányị.


Ndị neso Kraịst na-abụ abụ dịka ha na-arụ ọrụ.
Ndị neso Kraịst tolitere ruo ọtụtụ puku. Ha gara n’ihụ nekerịta ihe ha nwere. Ha nezisa ozi-ọma Jizọs kwa ụbọchị site n’ụlọ ruo n’ụlọ makwa n’okporo ụzọ nye onye ọbụla ha zitere.
Ọlụ ndị-ozi 13:30-32


Unu ndịkom Izrel, unu ma na Chineke gwara nna ányị̄ ha na a ga-ebupu mkpụru ha n'ala ọzọ. Makwa ha gebiri n'ebe ahụ di ka ndị ohụ ruo narị afọ ano. Ṁgbè nke ahụ gasịrị, Chineke kwuru na ya gekpe mba ahụ ikpe ma nyefee ndị ya n'ala ahụ o nyere Abraham.


Ma Solomon wuru Chineke ụlọ. Ma Onye kachasị ihe nile elu adịghị-ebi n’ụlọ uku ejiri aka me; di ka onye amụma sịrị: “Eluigwe bu oche-ezem, ụwa bụ kwa ihe-mgbakwasị-ụkwụ nke ụkwụm: ole ụlọ nke unu gewurum? Ọ bụ ihe si Jehova n’ọnụ pụta: ma-ọbụ gịni bu ebe izu ikem?
Stivin emela onwe gị onye nzuzu.
I nekwu okwu megịde ụlọ-nsọ ányī̩.

Aịzaịa 66:1;
Ọlụ ndị-ozi 7:1-57





Stivin, ị kpọrọ onwe gị onye Ju?
Ị dọtuola iwu ányī na omenala ányī ma were gịnị nọchie ányá ya? Nwoke nwụrụ anwụ nke n’ọdịghị onye hụlara ya keṁgbè Ndị Rom kpọgburu ya n’obe?
Lee, a na m ahụ eluigwe ka o mehere ma Ọkpara nke Chineke ka ọ kwụ na-aka nri Chukwu. Oh! Ọ dị ebube n’ányá!


Were aka unu kpụchie ntị unu ka unu ghara ịnụ nkwulu.
**O kwesịrị ịnwụ!**
Kpọpụ ya n’ezi obodo ma were nkume tugbuo ya.


Ọ na-achọ imebisi okpụkperechi ányị̄.
ONYE NKWULU!
Ányị̄ kpọgburu Jizọs n’obe ma ányị̄ gejikwa nkume tugbuo gị.
Jizọs ka ga-abụ Onyenweihenile ma unu tugbu chaa m.


Okwuluwo okpụkperechi ányī. Ányī sị ka ọ nwụọ. Sọl ị ga-anọnyere ányī maka ndị isi?
M ga-abịanye aka ka egbuo ya. Ọ bu otu n'ime ndị-neso-ụzọ-Jizọs, onye Nazaret ahụ nwụrụ anwụ. Nkwulu a ga-akwusịrịrị. Gaa nụ niru were nkume tugbuo ya.



Ọlụ ndị-ozi 7:58-59


Clunk!


N’oge ahụ, e wee nwee mkpagbu di ukwuu megịde ọgbakọ dị na Jeruselem, madụ nile wee hapụ obodo ahụ ma e wezuga ndịozi.
Nke a bụ mbido!
Gbuonu ndị a nile neso Jizọs!
Gbuonu onye nkwulu!


Ọ ka nwere ndị-neso-Kraịst nọ n’ ebe ahụ?
Emerụkwala papa m ahụ!
Kpọrọkwuo nwányị̄ ahụ.
Saul onye Farisi lusoro ndị ọgbako Kraịst ọgụ, ọ nọ na-aba ụlọ ndị madụ wee netinye ndị ikom na ndị inyom n’ime ụlọ nga.
Ọlụ ndị-ozi 7:59-8:3


Ka onye Kraịst nke aha ya bụ Filip no nekpe ekpere, onye mmozi gwara ya okwu.
Filip kulie jee na ndịda okporoụzọ si na Jersalem neje gaza.


Amaghị m ihe mere nụ o ji chọọ ka m jee n’ebe ahụ. Mana Chukwu sị m jee, a ga m eje.


Ebe a dịka ụzọ ahụ. Ugba kedụ ihe ị chọrọ onyenwem?


Onyenwem,kedụ ihe i chọrọ?



Ọlụ ndị-ozi 8:26-29


Onye a bụ nwoke nwere ikike dị ukwuu nke nejere Eze Nwányị̄ Etiopịa ozi. Ọ bụ kwa nwoke a na-akpakọba ya. É nyekwara ya akụ alaeze ahụ nile n'aka. Ọ gara Jeruselem ife ofufe n'ụzọ ndị Ju. Ugbu a ka ọ na-alaghachi Ethiopia ma na-agụkwa akwụkwọ nsọ.
"A neduru ya dịka atụrụ nke a gegbu, dikwa ka nwa atụrụ n'ihu onye na-akpacha ya, otu ahụ ka o mehegị ọnụ ya, n'ihi na e wepụru ndụ ya n'ụwa..."


Anụ m ka ị na-agụ site n’ọnụ Aịzaịa onye amụma. Ị ghọtara ihe ị na-agụ?
Ị matara ebe m nọ na-agụ. Ma enweghị m ike ịghọta ya ma ọ bụghị na madụ kọwara m ya. Bịa soro m n’ụgbọ.


Ị ka si Jeruselem bịa?
Ee, a gara m ebe ahụ ife ofufe. Ekpukperechi nke ndị obodo m adịghị enye m udo. Chukwu dịsị ányá.





Aịzaịa 53;
Olu ndi-ozi 8:27, 30-34


Dịka i si mara, e dere akwụkwọ Aịzaịa ihe dịka afọ narị asatọ gara aga. Isi nke iri-ise-na-atọ nile nke Aịzaịa bu nanị otu n'ime amụma gbasara Mezaịa. Ọ sị na a "geletu ya ányá ma jụ ya"
I si na Jeruselem na-abịa, ya mere ị marawo na, agbanyegị na Jizọs rụrụ ọtụtụ ọrụebube, ndị isi ányī anabataghị ya.




Amaokwu nke
asaa bụ amụma m̀gbè
Jizọs kwụ ọtọ n’ihu ndị
nekpe ya ikpe, o kwurughị
ọnụ ya ma-ọbụ zọrọ
onwe ya.

Aịzaịa buru
n’amụma sị na Jizọs gemerụsị
arụ i ji kwụọ ụgwọ mmehie ányị̄.
Amaokwu nke ise kwuru sị na
ahụhụ dịrị ányị̄ bụ ndị mmehie ka
a gatụkwasị n’elu Jizọs.



Amaokwu nke asatọ kwuru na, é si n'ụlọnga kpọrọ ya, makwa na a gegbu ya n'ihi nnupu isi nke ndị ya.
Ebe kacha masị m bụ amaokwu isii nke kwuru sị, "Ányị̄ nile dịka atụrụ agafuwo; ányị̄ nile ejewo n'ụzọ masịrị ányị̄; ma Onyenweihenile tukwasara ya mmehie ányị̄ nile." Nke a mere ka ányị̄ mara na madụ nile arapụwo mmasị Chineke ma neje n'ụzọ mmehie nke onwe ányị̄. Nke a mere na m̀gbè ọ nwụrụ n'obe, ọ nọsị na-akwụ ụgwọ nnupu isi ányị̄.
INRI


INRI
Amaokwu nke itolu kwuru sị na a geli Jizọs n’otu ebe a neli ndị ọgarányá na ndị nemebi iwu.
Amaokwu nke itolu gwakwara ányị̄ sị na Jizọs emeghị mmehie dịka ndị madụ ọzọ mere. Ọ sị na ọ masịrị Chineke ị merụ ya arụ makwa taa ya ahụhụ maka na Jizọs ji mkpụrụ obi ya na-akwụ ụgwọ nke mmehie.




Aịzaya 53: 3-10; Ọlụ ndị-ozi 8:35;
Ndị Rom 2:16; 2 Ndị Korịnt 5:21


Anụwo m ka ndị odeakwụkwọ na ndị-n̄chụ́-àjà nekwupụta amụma Mezaịa ọtụtụ m̀gbè. Ọ bụ gịnị meziri ha jiri anabataghị Jizọs?
Ụfọdụ n’ime ha anabatawo Jizọs mana ndị ọzọ ahụ newe iwe na Jizọs kpọrọ okpukperechi nke ire abụọ ha asị. Ha chọrọ Mezaịa gegbu Ndị Rom, ọ bughị nke gekpughe mmehie ha. Ha chọrọ ị chị n’alaeze mana ha achọghị ka Chukwu chịa n’ime obi ha.


É nwere amụma ndị ọzọ nke Jizọs mezuru?
Abụ Ọma iri-abụọ-na-abụọ bụ amụma ọnwụ ya site n'ịkpọgịde n'obe.
Ọ bụ nedeghị Abụ Ọma ihe dịka otu-puku-afọ gara aga, tupu ebido ikpogide madụ n'obe dịka ntaramahụhụ dịrị ndị nemebi iwu?




N'ime Abụ Ọma 22:16 ọ gwara ányị̄ sị na a ga-akpopụ aka ya na ụkwụ ya- dịka ha ji ntu ndị ahụ mee. Amaokwu 14 nke Abụọma 22 gwara ányị̄ na akpịrị ga-akpọ ya nkụ ma na ọkpụkpụ ya gekesasi onwe ha n'ọnwụ ya, mana Abụ Ọma 34:20 kwukwara sị na ọdịghị ọkpụkpụ ya a ga-agbaji m̀gbè a ga-akpọ ya n'obe. Dịka i si mara, ọ bụ omenala igbajisi ọkpụkpụ ndị a kpọrọ n'obe, mana Jizọs nwụrụ tupụ a gbajie ọkpụkpụ ya. amaokwu 17 nke abụ ọma sị na ndị madụ gelegịde ya ányá ka ọ gba ọtọ. amaokwu iri na asatọ kwukwara na a gefe nza maka otu uwe ya ma keriekwa uwe ya nke ọzọ.

Ọzọkwa, Zekaraịa 12:10 na-agwa ányị̄ na a ga-akpọpụ ya aka na ma emechaa, ndị Ju ga-ahụ mkpọpụ ahụ n’aka ya. Aịzaịa 50:6 kwuru na a geti ya ihe n’azụ ma kụọ ya aka na nti.
abụ ọma 16:10 gwara ányị̄ na ọbụladị na a geli ya, na arụ ya agaghị anote aka n’ili nke ire-ere. amụma kwuru na ọ bụ enyi ya ga-arara ya nye, makwa na onye ahụ ga-atọgbu onwe ya, si n’elu daa nke geme ka afọ ya gbawasia. ọ sikwa na ala ahụ ebe ihe ndị a geme ka a geji n’eli ndị obịa nwụrụ n’obodo ahụ..
nke a nile na ọtụtụ ndị ọzọ mezuru dịka ndị amụma buru ya. ọ dịghị mgbagwoju anya dị na ya. jizọs kraịst nke nazaret bụ mezaịa, onye nzọpụta ụwa nile.

Abụ Ọma 22:6, 17-18, 16:10, 34:20; Aịzaịa 50:6; Zekaraịa 12:10


É kweere m na Jizọs bụ Mezaịa .Ọ bụkwa atụrụ nke e kwere na nkwa gewepụ mmehie ụwa ányị̄. N’ihi ya ọdịghịkwa anụmanụ e kwesịrị igbu ọzọ. Jizọs bu ụzọ n’eduje ányị̄ na nke Chukwu. A ga m abụ onye-neso-ụzọ-Jizọs.


Leenụ mmiri! Kedụ ihe gegbochụ m i dotu na mmiri?
A ga m e dotu gị na mmiri ma i were obi gị nile kwere na Jizọs.
Oh! Mana é kwere m! E kwerem !



A na m é dotu gị na mmiri n'aha onye nwe ányī Jizọs Kraịst.



Ekele dịrị Chineke!


Kedụ ebe nwoke ahụ jere?
Ahụkwaghị m ya!
Ọ dịka Chukwu akporowo ya jee ebe ọzọ. Ka ányị̄ laghachi Etiopịa je gwa Eze Nwányị̄ ihe ányị̄ mụtara gbasara Mezaịa.
Ọlụ ndị-ozi 8:36-39
Ọgbakọ Kraịst wee malite n’Etiopịa ebe ọ na-aganiru ruo oge ọhụrụ a, m̀gbè ndị moslem bịara gbupụsịa ọtụtụ n’ime ha.

# ISI 13

# N' ỤWA NILE





Site n’egwu maka ndụ ha, ndị Kraịst gbakọrọ na nzụzọ ịnụ-Okwu Chineke, ịgụ-akwụkwọ nsọ ya na ịbụ-abụ ọtụtụ nyere Chineke.
Ndị enyi m ọma, onyenweányị̄ tara ahụhụ otu ọbụ yewepụ mmehie ányị̄. O jughi ányị̄ ányá na ányị̄ ga-atakwara ya ahụhụ. Ka nkpagbụ ányị̄ na-agabiga hara iju unu ányá.
Jizọs kwuru si, “ Ma ọ bụrụ na onye ọbụla geso ụzọ m, o gebụli obe ya ma sorokwa m.” Nke ahụ pụtara na ányị̄ gebụ obe ányị̄ jeruo ugwu nke mkpọgbụ ma o bụrụ na o masi ya. Ugba Abụ Oma 22 na-agwa ányị̄......


Chukwu nyere ányị̄ aka. O bụ onye ogbụ madụ ahụ, Saul.
Nọrọ nụ ebe unu nọ. Okpụkperechi ndị obodo ọzọ a agaghi enwe isi ebe a.
Jide onye isi ha. Ányị̄ geji ya mee ihe atu.


Ányị enwewo ndị Mezaịa nile ányị gedinwu. Kedu ihe mere unu ji efe onye okwa nke a nwuru anwụ.
Onyenweányị Jizọs di ndu. O bụ kwa ya kere ụwa nile.
I nwere ike igbanwe uda gị m̀gbè ányị getinye nwunye n’ụlọ mkpọrọ ka o ree.




Matiu 16:24; Mak 8:34; Olu ndị-ozi 9:1-2


Nke abụ ọzọkwa hụrụ Kraịst n’ányá.
Ányị̄ mara na nke a nwere ike ime oge ányị̄ ghọrọ ndị Kraịst.


O bụ onye Farisee ahụ Saul. Obi ọjọọ na igbu madụ jupụtara ya n’ahụ.
Obi ọjọọ Saul karịrị akarị.
E, ányị̄ gekpere ya ekpere. Ka ányị̄ kpe ekpere na Chineke gemedata ya obi ma meekwa ka o hụ eziokwu.
Chetekwa na ụfọdụ n’ime ekweteghi na mbụ.


Saul, ọ na-adi m ka ikpọchapụwo ndị okpụkpere Jizọs a site na Jeruselem.
Mba, ka ányī negbụ ma netinye ha na mkpọrọ, ka ha na-abawanye. Ha agbasasiwo ruo obodo ndị ọzọ. ụlọ ekpere nke di na Damaskos jupụtara na ha.


M genye gị akwụkwọ ikike nke ijide ha, i geje Damaskos.
A ga m eje ozugbo.
Sọl chere na ọ bụ oru ya ichebe okpukpe ya na nke ndị mba ya site na ihe ndị ọzọ kweere. Mana o kpagburu ya na ndị Kraịst nwere udo na ntụkwasị obi nke ọ na-amatubeghi.


Na mberede, Ìhè pụtara n’ihụ Sọl.
, Ìhè nke nenwu karịa ányánwụ.
Sọl, Sọl, o bụ gịni mere i ji akpagbu m?
Egwu bịara ịnyịnya Sọl nke mere ka ọ tụda ya na-ala rie mbọmbọ ọsọ.




Olu ndị-ozi 9:1-6


Ị nụrụ olu ahụ?
E, mana aghọtaghị m ihe o kwuru.
Ma mụnwa kwa. Ọ dara ka egbe eluigwe.
Ọ bụ olu nke Chineke!
Anaghị m ahụ ụzọ! Nyere m aka. Anaghị m ahụ ụzọ. Duru m jee n’ime obodo.


Aha m bụ Ananaias. Jizọs gwara m okwu n’ohuu ma gwakwa m sị m bịa mee ka ị hụ ụzọ.
A bụ m onye ìsì n’ezie.


N’aha Jizọs Kraịst, bido hụwa ụzọ.


A huwo m ụzọ! Mana ị sị n’ọbụ Jizọs mere ka m hụ ụzọ? Gwatukwuo m maka Jizọs.


Ananaias wee meghee Akwụkwọ Nsọ wee gosi Sọl amụma nile e bụrụ maka Jizọs Kraịst.
E, abụkwa m onye nzuzu. Ọ nọsị n'ime akwụkwọ nsọ mana ahụghi m ya. Obi-iñụ-ọkụ nke okpụkperechi m kpọchiri m ányá. A chọrọ m ka e dotu mụ na mmiri ka m bụrụ onye-neso-ụzọ Jizọs.
Chukwu gbanwere aha Sọl wee kpọọ ya Pọl.
Olu ndị-ozi 9:7-19


Sọl nke aha ya bụzi Pọl, bụzi nwoke ọhụrụ ji ozi ọhụrụ. Ọ chọzighi igbụ ndị neso ụzọ Kraịst. Ọ choziri irio ndị ọzọ ka ha nwee okwukwe n’ime Kraịst.
A ghotara m obi abụọ unu. Mụ onwe m ekwetaghị na mbụ, mana agwa m unu, Jizọs nke Nazaret mezuru amụma m̀gbè ochie nile gbasara Mezaịa.
Mana ihe akaebe nke kachasị bụ na Chineke mere ka o bilie n’ọnwụ.


Kedu ụdị onye nzuzu i bụ? Kedu ka Mezaịa gesi kwere ka ndị iro ányī gbuo ya?
O bụ nwa atụrụ nke Chukwu zitere ka o sachapụ mmehie ányị.


Chukwu nọkwa nemetụ ndị obodo ọzọ aka n’obi. Ọ dịkwa onye Rom nke chọrọ íhụ̄ Chineke nekpere.
Chukwu, a ma m na Ị dị otu. Onye kere madụ nile. Okpụkpere nke ndị bem adịghị ọcha ma ọ dịghị enye udo. Gosi m ụzọ gị ka m jee ije n’ime ya.


Onye? Gịnị? Onye ka ị bụ? Kedu ebe i si bịa?
A nuwo ekpere gị. Ọ bụkwa Chukwu zitere m. Zije ụfọdụ ndị ikom gị Jopa. N’ụlọ nwoke a na-akpo SimỌn. I genwete kwa ụlọ ahụ n’akụkụ mmiri. Jụọ ha maka nwoke aha ya bụ Pita. O ga-abịa n’ụlọ gị wee gwa gị eziokwu maka Chineke.



Chukwu emewo udo site n'ọbara nke obe ya.
Pita, nna-ányị̄-ukwu bụ onye okpukpere chi nke ukwuu. Ọ bụ ezigbo madụ mana ọtụtụ ihe nenye ya nsogbu. Gbe nile o nekpe ekpere. O nenyekwa ụmụ ogbenye ego mana ya na Chineke anọghị n'udo.
Kedu ihe nke ahụ pụtara?
A ga m akọwara gị ya ugbu a onyeisi.



Onye-isi-agha ahụ hụrụ Pita n’onụ-ụzọ ya wee kpọrọ ya isi n’ala.
Bilie. E kwesighi m ụdị nsọpụru ahụ. A bụkwa m nwoke ibe gị. Kpọkọta madụ nile ka m ghasara unu ozi-ọma.


Nke a bụ ụbọchị ukwu. Chukwu ezitewo Pita, otu n’ime ndị-neso-ụzọ Jizọs , ka ọ bịa gwa ányị ihe gbasara Jizọs.
Olu ndị-ozi 9:20-22, 10:1-27, 38-41
E, mụ na Jizọs jekoro ije n’ime afọ atọ- na- okara. A hụrụ m oge akpọgburu ya n’elu obe. A hụkwara m ya m̀gbè o biliri n’ọnwụ. Ányị dị madụ nari ise bịakọtara ọnụ, ị nụ ka ọ nagbasa ozi-ọma m̀gbè o kuliri n’ọnwụ. O riri nri, ányị metụkwara ya aka. Ọ kuziri ányị ihụ ndị iro ányị n’ányá ya na ikpere ndị na-akpagbu ányị ekpere. O nyekwara ányị mmụọ nsọ ya...


Konelius onye-isi-agha ya na ezinụlọ ya nile kweere n’ozi-ọma nke Jizọs Kraịst. Ha nile ka e dotukwara na mmiri ụbọchị ahụ.


Pọl jere n'ụlọ ekpere nke nọ na Antiọk ma gbasara ha ozi-ọma n'ụbọchị Sabat.
Unu mara onye m bụ. A kpagburu m ndị Kraịst ruo n'ọnwụ. Mana Jizọs zutere m n'ụzọ di ka ọkụ nemebi ányá. O ji kwa olu di ka egbe eluigwe wee gwam ka m gbasaa ozi ya. Achọwo m n'ime akwụkwọ nsọ ihe gbasara Mezaịa ma chọpụtakwa na Jizọs mezuru amụma ahụ nile.


Chineke kwuru sị na ọ gebụli nwa nwoke nke Devid elu ka ọ bụrụ onye nzọpụta nke Izrel, makwa na ndị isi ndị nọsị na Jeruselem gekpegbụ ya sị ka ọ nwụo.



N’isi akwụkwọ Abụ Ọma ọzọ, o kwuru sị na Chukwu agaghị ekwe ka onye nsọ ya hụ mmebi. Nke a bụ amụma nekwputa sị na obụladị na ọ ga-anwụ, na ọ gaghị ere ere n’ili. Achọrọ m ka unu mara na mgbahara zuru oke n’ime Jizọs, ihe Mozis amaghị maka ya.



Abụ Oma 2:7, 16:10, Olu ndị-ozi 2:27, 10:47, 13:33-35


A ga-atugbụli gị maka nkwulu
Ebe unu achọghị ịnụ ozi-ọma nke ndụ ebighiebi, ányị̄ geji ozi ányị̄ jee be ndị obodo ọzọ, di ka ndị amụma siri bụo.


M̀gbè o doro Pọl ányá na ndị obodo Ju gejisike n’ajụ Kraịst, o tinyekwara ike nile ya ị gbasa ozi-ọma ahụ n’obodo ndị ọzọ na-abụghị Izrel.
Otuto dịrị Chineke na nwa ya Jizọs Kraịst. Nzọpụta abịaworo ndị obodo ọzọ!
**Paul biko dotu m na mmiri!**
Gwatukwuo ányị̄ maka amụma gbasara Jizọs.
Ọtụtụ ndị obodo ọzọ kweere ozi-ọma ma ganiru n’amara Chineke.



Iwe bịara ndị Ju, ha wee chụpụ Pọl na Banabas site n’obodo ahụ ma gwakwa ha na ha gegbụ ha ma ha lọghachi. Ya mere Pọl na Banabas wee jee Eshia n’agbasara onye ọbụla ha zitere ozi-ọma.
Banabas, ọ bụrụ na m daa, ganiru gbawa ọsọ, akwụsịla.


Na Listra ndị Ju ji nkume tugbuo Pọl. Ha tufukwara ozu ya n’ezi obodo ha.
Chineke gbaghara ha maka na ha egbuwo Pọl.
Olu ndị-ozi 14:19-20


Chineke ruru orụebube ma mee ka Pọl bilie n’ọnwụ.
Pọl, e chere m na ị nwụọla!
Ọ bụghi ugbụ a, Chineke egosiwo m ọtụtụ ahụhụ nke m ga-ata n’ihi aha ya. Nke a bụ nani mbido ya. Bịa ka ányị̄ laghachi n’ime obodo ahụ.


N’obodo Filipaị nke ndị ala mesedonịa, é tiri Pọl na Silas ụtarị ugboro iri-atọ-na-itolu. M̀gbè é mechara nke a, ha tụbara ha na mkpọrọ. Agbanyegị ntaramahụhụ ha, obi ha juputara n’ọñụ, ya mere m̀gbè etiti abali ruru ha weliri olu ha gụwara Chineke egwu.
I kwesiri onyenweányị̄ i nara otuto, na ekele na nsọpụru...


Ahhhh! Jizọs bụ onwenweihenile!


Whapp!
Ka ọtụtụ afọ nọ na-agafe, é tiri Pọl osisi ugboro atọ dị iche iche mana o meghi ya ka o kwụsị ịgbasa ozioma Chineke.
Olu ndị-ozi 14:19-20, 16:23-25; 2Ndị Korint 11:24-25; Mkpụghe 4:11


Ka Pọl neje njem ya site n’ebe ruo n’ebe wee na-agbasa ozi-ọma, ugboro atọ di iche iche ka ụgbọ nke o no n’ime ya lara n’iyi.
O nwere m̀gbè ọ nọsi n’erugharị n’elu oke mmiri ruo m̀gbè ụgbọ ukwu nke nọ na-agbafe agbafe hụrụ ya n’elu mmiri ahụ wee tụtụrụ.
Ọ dịkwa m̀gbè ndị ohi nejide ya dị ka ọ neje.
Mana ọ kwụsịghị ya ịgbasa ozi-ọma.

Pọl rịara ọrịa, rịa oyi, rịa ekpomọkụ, rịa agụụ nakwa ihe mgbu dị iche iche dị ka ọ nejegharị n’ụwa na-agbasa ozi-ọma Jizọs.




Pọl nọkwa nejeghariị na-adọ ndị madụ aka na ntị gbasara ife arụsị ma nenye ha ozi-ọma gbasara Jizọs Kraịst.
Unu ahapụwo arusi unu fewe Chukwu ma Chineke agbaghaworo unu mmehie unu maka okwukwe unu, nejighi iwu tinyere unu. Ugbu a unu bụzi akụkụ ahụ ya ma bụrụkwa ndị ezinụlọ Chineke.
Ekẹle diri Chineke!

Ndị Korịnt 10:14, 12:12-13,18; 2 Ndị Korịnt 11:25;
Ndị Galetia 2:16; Ndị Efesọs 2:19




Ṁgbè ndị madụ nabatara Chineke, ha hapụru arusi ha na ọgwụ ha. He tụbara ihe nile metụtara okpukpere nke mbụ ha na mmehie ha n’ime ọkụ. N’ime afọ iri-abụọ, ndị kweere na Chineke Jupụtara n’ụwa ebe ama-ama, ndị n’efe Chukwu site na Jizọs Kraịst.

Jizọs adowo ndị-neso-ya aka na ntị sị, “Ṁgbè ahụ ka ha genye unu ka ewee taa unu ahụhụ ma gbuo unu: madụ nile ga-akpọ unu asị maka na unu kwere na aha mụ. ọtụtụ n’ime unu ga-adapụkwa n’okwukwe ma rara enyi ha nye, ha ga-akpọrịta onwe ha asị. Ọtụtụ ndị amụma ụgha gebilikwa, dufuo ọtụtụ.







Ṁgbè ndị ahụ hụrụ Kraịst ṁgbè ọ nọsị n’ụwa kara nka ma ṁgbè ọgbakọ Kraịst gbasasịrị n’akụkụ nile nke alaeze Ndị Rom, ha wee bido na-achọpụtasị ndị bụ ndị Kraịst ma nakpagbu ha negbukwa ha. Ṁgbè ọ bụla onye neso Kraịst jụrụ ịgọnarị Kraịst, ha getinye ha n’ogịge ka ndị madụ n’ele ha dị ka ọdụm na-adọwasị ha.


GGRRRRR!
IEEEEE!

Ụfọdụ m̀gbè, ndị-ogbumadụ negbukwa ndị Kraịst dị ka ha nọ n’ime ogige ahụ. O neju ndị madụ ányá na ndị Kraịst adịghị agọnarị Kraịst kama ha anwụọrọ Jizọs.




Matiu 24:9-11




Ǹgbè afọ iri anọ gasịrị, n’ime afọ iri-asaa ǹgbè Kraịst nwụsiri, ndị rom bịara mebisie obodo ahụ ya na ụlọ nsọ ahụ. ǹgbè osisi nọ n’ụlọ nsọ nọ neere ọkụ, olaedo nke e ji wuo ya gbazere wee mịbasia na mgbawa di n’etiti nkume, nke dị na ala, ma n’ime ntoala. Nke a mere ǹgbè ndị rom chọrọ iwesi olaedo ahụ, ha mebisiri ụlọ nsọ ahụ nile, wee mezuo amụma Jizọs.

Ndị Ju nọ n’ime Jeruselem n’ala Izrel ndị na-anwụghị na agha ahụ gbara ọsọ je biri n’obodo ndị ọzọ ebe ọtụtụ n’ime ụmụ ụmụ ha bi ruo taa.




Ndị Ju ndị nke Kraịst gbakwara ọsọ jee na obodo ndị ọzọ ebe ha nọkwa na-agbasa ozi-ọma nke mere ọgbakọ Kraịst ji neto.

Ebe o bụla ha gbabara ha na-ahụ
ndị Kraịst nke ga-anabata ha.






Matiu 24:2; Luk 19:43-44

Ndị-ozi Jizọs gara niru igbasa ozi-ọma nke mbilite n’ọnwụ Jizọs Kraịst ruo m̀gbè ha nwụrụ. E gbụsiri ha otu n’otu ma ewezuga Jọn. Ha nile nwụrụ n’obi ike n’ihi na ha mara na ha nwere ebe obibi ka mma n’eluigwe.




Ọ dị ndị e ji nkume tugbuo.
Ọ dị ndị e jiri meere anụ ọhịa nri.
Ọ dị ndị é gbupuru isi.


Akpọdoro Pita isi ala n’obe.
Jọn 21:18; Olo ndị-ozi 12:2
Ndị ọzọ keji nwayọ nwayọ sie n’ite mmanụ.
A nam eje n’ebe ka mma, Chineke gbahara unu.
E rughị m ịnwụ ka i siri nwụọ onye nwem.
Ha nile nwụrụ n’okwukwe na nkasi obi na ha nwere ahụ ọhụrụ ya na ebe obibi ka mma nke neche ha.


Ǹgbè afọ iri isii gasịrị site na ǹgbè Jizọs biliri n’ọnwụ, Jọn bụ nanị onye ozi nke fọdụrụ nụ. A chụpụrụ ya wee tọgbọ ya n’agwaetiti nke okwute okwute nke aha ya bụ Patmọs. Ebe ahụ ka Mụọ nsọ kpọrọ ya jee eluigwe ka Chukwu gosi ya ihe ga-abịa na mmezu.
Jọn a ga m egosi gị ihe na-aga ime n’odiniihụ. Detuo ihe ị hụrụ ma tinye ya na-akwụkwọ zigara ọgbakọ asaa ndị nọ na Eshia.


M̀gbè oge a, geru ọgwụgwụ, Jizọs ga-alaghachi wee mehee ili ndị nile kweere na ya . Ha na ndị ya di ndu gekuli je zute ya n’elu ebe ányī na ya ga-anọ rue ebighiebi.
M̀gbè ọgwụgwụ oge ahụ, Chineke geji ajọ ihe ọjọọ leta ụwa. Ọkụ gesi n’eluigwe daa, a genwekwa ihe otiti ndị ọzọ gebibi ọtụtụ ndị bi n’ụwa.

Otu nwoke ga-abịa nke ga-adọrọ na ya bụ Mezaịa. Ọ ga-aghọgbụ ọtụtụ ndị ma mekwa ka ha ghọ ndịozi ya na ọchịchị ya. Ndị a ka ọ genye akara n'ihụ isi ha ma na-azụ aka nri ha.




1 Ndị Tesalonaika 4:14, 16-17;
2 Ndị Tesalonaika 2:3-4;
Mkpụghe 1:9, 11, 8:1-13, 9:18,
13:16. 20:4

Ndị nekweghị anara akara ahụ ka a gegbụrisi. Ọ ga-abụ oge oke mkpagbụ nyere ndị a hapụru n'ụwa n'oge ahụ.


Dika é bụrụ n’amụma, Jizọs ga-alaghachi ọzọ na ṁgbè ọgwụgwụ oge ahụ.
Ọ ga-abịa n’ebụbe ya nile ya na ike ya, ọ bụghi di ka madụ. Eluigwe gemeghe ka ọ na-agbadata n’elu ịnyịnya ọcha ya.
Ọ ga neke dịka ányánwụ ma nelu isi ya ka o geyi ọtụtụ okpụeze nenweghi ọgụ. N’aka ya ka ọ geji kpakpando asaa ma site n’ọnụ ya ka mma agha nke eziokwu ga-apụta.

Ọ geche Ekwensu ihụ ma tụba ya n’ime odo ọkụ ebe a ga-ata ya ahụhụ ebighiebi. Ebe ahụ, ọ gaghị ịnwa madụ ọzọ. Jịzọs ga-atụbakwa ọnwụ, onye iro nke ikpeazu ya n’ime odo ọkụ, ọ gemekwa ka ụwa di ọhụrụ.



Chineke ga-achịkọta ndị nile kwere na Ọkpara ya ma nye ha ndụ ebighiebi n’ụwa ọhụrụ. Chineke gehipụchakwa ányá mmiri nile, ọnwụ, iri uju, ịkwa akwa ma-ọbụ ihe mgbụ agaghịkwa adị, maka na ihe mbụ nile agasiwo. Jizọs ga-achị dịka Eze na Onye Nzọpụta n’elu ndị ezi omume ya nọ n’ụwa nke mmehie na ọnwụ agaghị adị na ya.

1 Ndị Tesalonaika 4:16; Mkpụghe1:16, 19:11-21, 20:10-15, 21:1-4



Keṁgbè pụku afọ abụọ
ka é bidoro ịgbasa
ozi-ọma nke Jizọs
Kraịst. Jizọs buru
amụma na ozi nke
alaeze ya geru ụwa nile
ruo ṁgbè obodo nile,
egbo na ezinụlọ dum
ga-anụ ozi-ọma ahụ.



Ọ dị nanị otu Chineke ma o nwekwara nanị otu nwa nwoke. Ọ di nanị otu okwukwe na otu akwụkwọ nsọ. O dị nanị otu ụzọ é si aba paradais m̀gbè ndụ a gasịrị. Jizọs bụ ụzọ, eziokwu na ndụ dịka ọtụtụ madụ n’obodo nile chọpụtaworo.


Ozi-ọma nke Kraịst dị iche site na okpukpere dị iche iche nke ndị ụwa, a naghị agbasa ya site na mmachi ma-ọbụ mmaja. Jizọs kuziri ndị-neso-ụzọ-ya ihụ ndị iro ha n’ányá ya na ijupụta n’oñụ na abụ. Taata, ndị madụ si na obodo dị iche iche ya na asụsụ dị iche iche nenwe anụli site na mgbaghara mmehie na ndụ ebighiebi.
Agbanyeghi nke a, o ruola narị afọ abụọ kem̀gbè Jizọs biliri n’ọnwụ, ma ọ dikwa ndị na-anụbeghi ozi-ọma ya. Madụ kwesiri ịgwa ha.
Jon 3:16, 14:6


# Akụ̀kọ́ nke ọgbara ọhụrụ gbasara ikpe na-abịanụ




Ị bụ onye mmozi? Kedu ebe ị kpọm eje?




Ndi Hibru 9:27


Ọ nele ma aha gị odị n’akwụkwọ ndụ nke nwatụrụ Chineke.
“Ma ahụru m ndị nwụrụ anwụ ma ndị ukwu ma ndị nta, ka ha kwụ n’ihụ Chineke; ewee mehesịa akwụkwọ, mesịa mehee akwụkwọ ọzọ nke bụ akwụkwọ nke ndụ: ma ndị nwụrụ anwụ kekpere ikpe site n’ihe e dere n’ime akwụkwọ ndị ahụ, dịka ọlụ ha siri dị.”


Jọn Do, ruo nso ocheeze.
“Chineke gekpe ihe nzụzọ nke madụ ikpe site na Jizọs Kraịst.”


Jọn Do, taa bụ ụbọchị gị n’ụlọ ikpe. E boro gị ebubo na i mere ọtụtụ mmehie. Kedu ka i siri arịọ arịrịọ?
Ọ bụ eziokwu na mụ mere ụfọdụ obere mmehie. Mana abụkwa m ezigbo madụ, jụọ ndị nile maara m.




Ndị Rom 2:6, 16; Mkpụghe 20:12


Weta akwụkwọ ahụ.


Ndu nke Jọn Do


Akwụkwọ ahụ nwere aha m na ya.
Ndụ nke Jọn Do


Ndeksị Mmehie
Ịgha ụgha 1-48
Agụụ mmekọahụ 49-74
Ịkpọasị 75-91
Ányáukwu 92-115
Ịkpere arụsị 116-132
Mpako 133-175
Ikwa iko 176-204
Ekweghiekwe 205-250
Iribiga nri oke 251-2
Igbu madụ 272
Omume idina ụdị
onwe 273-274


Akwụkwọ gị nekpụghe na i meela ọtụtụ mmehie.


Jụọ onye obụla mara m nụ; a bụ m ezigbo madụ.
Ọ bụghi site n’olu oma nke ezi omume nke ányị̄ jiri aka ányị̄ mee, mana site nebere ya ka ọ zọpụtara ányị̄.

Titọs 3:5


Ị bụ ezi nwoke ṁgbè ị ghara ụgha?


Ị bụ ezi nwoke ṁgbè i nwere agụụ mmekọahụ?
Ị bụ ezi nwoke ṁgbè iwebigara iwe oke?


Mana emeghị m mmehie dị njọ. A bụkwa m nwoke okpụkperechi.
Ị ka na-agọnarị ihe i mere. Mmehie nile bụ mmehie ọjọọ.
Si n’akụkụ m pụọ unu bụ ndị mmehie. O nweghị ṁgbè m maara gị.


Ewo, Chi m, ihe a enweghi ike ị dị neme!
O wutere m mana oge a gaala i ji na-akpọ Chineke ugbu a.


IEEEEEE!


Ndị nemebi iwu..... ka a ga-atụba n’ime ọkụ. Ebe ahụ, a genwe oke akwa na ita ikikere eze. Matiu 13:49-50

# OCHE-IKPE NKE KRAỊST





Jọn 11:25-26


Aha gị dị n'akwụkwọ nke ndụ.
Oge eruola mgbe i ji anata ụgwọ ọrụ gị.


“N’ihi na o tuziela otu ụbọchị nke ọ geji kpe ụwa ikpe n’ezi omume, site n’aka nwoke ahụ nke o chiri echichi;
n’ebe ahụ kwa ka o nyere madụ nile ihe kwesịrị ntụkwasị obi, m̀gbè o kuliri ya n’ọnwụ”




Olu ndị-ozi 17:31

Our desire is that after reading *Good and Evil®* you will be motivated to read the entire Bible and that it will come alive to you. Make it a daily habit to read a portion of the Bible and then pray that God will help you understand and apply it.

Copyright © 2008, 2017 Michael and Debi Pearl.

ALL RIGHTS RESERVED.

*Author:* Michael Pearl

*Artist:* Danny Bulanadi

*Coloration:* Clint Cearley

https://goodandevilbook.com/